



Website: https://www.enyojonal.com

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala

Igbo Mbipụta nke mbụ, Epreel, 2020

Website: https://www.enyojonal.com

## Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala

Igbo Mbipụta nke mbụ, Epreel, 2020

**Ndị Nhazi:**

Thecla Ngọzị Udemmadụ

Ifeyinwa Cordelia Isidịenu

**Website:** https://www.enyojonal.com

## Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Ụlọ ọrụ mbipụta: Besing Books Multipurpose Poblications

## Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Mbipụta nke mbụ, Epreel, 2020

### Ozi si n'aka ndị nhazi

*"Enyo Jọnal"* dịka aha ya siri dị bụ nchịkọta edemede ndịe ji agba n'anwụ, asụsụ, omenala na nsirihundụ ndị Igbo. Ọ bụ ndị na-agba mbọ ka asụsụ na omenaala Igbo ghara ịnwụ na-esi na jọnal a bụ *"enyo"* edepụta edemede ha n'asụsụ Igbo kpọmkwem iji kwalite asụsụ na ụzọ ndụ ndị Igbo. Jọnal a na-anabata nchọcha ọbụla e demara edema, hazie nke ọma ma bụrụ ọkpọkọpị nke odee.

Odee ọbụla nwere mmasị nwere ike ime nchọcha n'isiokwu ọbụla metụtara asụsụ, omenala, agụmagụ, akụkọala, nsirihundụ, ekpemekpe, ọchịchị obodo, sayensị asụsụ, na ihe ọbụla metụtara ndụ mmadụ.

ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji ede edemede na jọnal a maka inye aka
welitekwue ọnụọgụ edemede e ji asụsụ Igbo dee.

Ziga edemede gị na ọwa ududo theclaudemmadu@yahoo.com ,
tn.udemmadu@unizik.edu.ng , **ic.isidienu@unizik.edu.ng**

**maọbụ ị kpọọ n'ekwentị 08033027892, 07038296805**

### Ndị Nhazi:

Thecla Ngọzị Udemmadụ

Ifeyinwa Cordelia Isidịenu

## Ndị ndụmọdụ pụrụ iche

**Ọkankụzi Benjamin Mmadike**
Ngalaba Lingwistiks
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Ọkankụzi Nkechinyere Nwokoye**
Ngalaba Amụmamụ Igbo Afrịka na Eshia,
MahadumNnamdịAzikiwe, Ọka

**Ọkankụzi Ikechukwu Okodo**
Ngalaba Amụmamụ Igbo Afrịka na Eshia,
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Ọkankụzi Cecilia Eme**
Ngalaba Lingwistiks
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Ọkankụzi Tracie Utoh-Ezeajugh**
NgalabaTheatre na Film Studies
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Ọkankụzi Boniface Mbah**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa ndị ọzọ
Mahadum Naijirịa, Nsụka

ENYO JONAL Mbiputa nke mbu, Epreel, 2020.

## NDỊNA

Ejije: Enyo e ji ahụta mmegbu ụmụodibo n'akwụkwọ Eruru n'oge ugbua – 1-8
-Ndidi Okey-Agbo
-Ebere Ihedigbo

Ebe a ga-ahụ akụkọala ndị Igbo – 9-21
-Ifeyinwa Cordelia Isidịenu

Ịkụ akparata: Akwamozu nwaanyị n'obodo Ọgwụ - 22 - 35
-Anthonia Chinyere Ephraim-Chukwu

Ndehie "Na": Ileba anya n'edemede ụmụakwụkwọ Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere - 36 -57
-Florence Ọlachi Okere

Osisi Nkwụ: Ngwaa na aha ndị gbasara ya – 58 - 68
-Felista Chidị Akịdị
-Chiọma RoseMary Ayọzie
-Andrew Chukwuemeka Mgborodwu
-Grace Ngọzị Amajioyi

"Mbụrụ" ndị Igbo ji ezipụta izu ohi - 69 - 86
-Augustina Ekwy Ezemọka

Ọdịda ilu Igbo na senchuri nke iri abụọ na out – 87 - 100
-Patrick ik. Umezi

"Mwepụ" n'ụtọasụsụ nnwoghari - 101 - 108
-Thecla Ngọzị Udemmadụ
- Nkiru Ugwu

Mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo na siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo Etiti, steeti Enugwu – 109 - 123
-Christian E. C. Ọgwụdile
-Chimankpam Juliet Didiugwu

Mbụrụ: Ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke – 124 - 135
-Onyinye Constance Amamgbo

# EJIJE: ENYO E JI AHỤTA MMEGBU ỤMỤODIBO N'AKWỤKWỌ *ERURU* N'OGE UGBU A

**NdidiOkey-Agbo**
**Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ ndị ọzọ,**
**Mahadum Naịjirịa, Nsụka**
**08061271905, jacinta.okey-agbo@gmail.com**

**Na**

**EbereIhedigbo**
**Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ ndị ọzọ,**
**Mahadum Naịjirịa, Nsụka**
**08034722818, ebereihedigbo@yahoo.com**

**Ụmịedemede**

Etu mmadụ nwere ike were enyo hụta ihu ya, etu a ka e nwere ike jiri ejije hụta mmegbu ụmụodibo n'ala anyị n'oge ugbu a site na akwụkwọ *Eruru*. Mmegbu ụmụodibo bụ ihe jọrọ njọ nke ukwu ma n'ihu Chukwu ma n'ihu mmadụ. N'ihi ya, nchọcha a na-eleba anya n'ihe ndị na- ebute ịgba odibo, ụzọ dị iche iche e si emegbu ụmuodibo, dg. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ ndoko nke Vladmir Prop. Atụtụ a kwadoro ndokọ ọnụ isiokwu na pụmpụtakwa dị n'agụmagụ ọdịnala. Ngwa nchọcha a bụ site n'akụkọ e dere n'akwụkwọ ejije *Eruru*, nakwa akwụkwọ ndị ọzọ metụtara isiokwu a. Nchọcha a chọpụtara na; Ụrịọnụ boro Eruru ebubo asị, tie ya ihe ma ziga ya ozi tara akpụ dg. N'ihi ya, ndụmọdụ anyị bụ ka ndị nlekọta ụmụodibo belata ahụhụ ha na -ata ụmụodibo dịka iti ha oke ihe, enyeghị ha nri, ibo ha ebubo dg. E nwere otu bụ "NAPTIP" (National Agency for Prohibition and Trafficking in Persons) nke gọọmenti guzobere ịhụ na atara ndị ọ bụla na-atụ mgbere ụmụaka mana-emegbukwa ha ahụhụ. A gana-akuzi maka nlekọta ụmụodibo ebe niile dịka na ntanetị, ihe onyoonyo televishọn na igwe okwu redio. Ọ dịkwazị mkpa ịkụzi maka nlekọta ụmụodibo na ọgbakọ ndị nne na nna, na na nke ndị nchekwa ndị ọzọ.

## 1. Mkpọlite

Odibo bụ onye nọ ọzụzụ n'ụlọ onye ọzọ abụghị nne ma ọ bụ nna ya. Oge ụfọdụ, ha bụ ndị enyemaka n'ezinụlọ ha nọ. Eke (2001) kwuru na

odibo nọ dị ka onye nọ n'aka mmadụ, bụ onye na-elekọta ya n'ụdị nne ma ọ bụ nna ya ukwu. Ụmụaka na-agba odibo nwere ndị ha na-ahụta dịka nne ma ọ bụ nna ha ukwu. Ọ bụ ndị ahụ na-elekọta ma na-agbaziri odibo ahụ ụzọ. Ọtụtụ mgbe, ọ bụ ihe onye nlekọta odibo chọrọ ka odibo na-eme. Ịgba odibo bụ ọnọdụ mmadụ enweghị ikikere nke aka ya, ọkachasi ikwu ihe ọga-eme na ndụ ya.

N'ala Igbo, e nwere ngalaba odibo dị iche iche, ndị gụnyere odibo na-azụ ahịa, odibo na-amụ ọrụ, odibo na-arụ ọrụ n'ezinụlọ, tinyere ndị ọzọ. Ọrụ odibo dị iche iche mana otu ihe jikoro odibo niile ọnụ bụ enweghị ikike dịirị mmadụ. Ọtụtụ ụmụodibo na-ata nnukwu ahụhụ n'aka ndị nlekọta ha. Akwụkwọ ejije e si na ya wepụta ma gbado ụkwụ dịka ihe nlere anya gosịrị odibo enweghị nne na nna ma bụrụkwa onye a tara nnukwu ahụhụ. Nchọcha a gbasoro usoro atụtụ ndokọ nke kwadoro ndokọ ọnụ isiokwu na pumpụta dị n'agụmagụ ọdịnala. Atụtụ ndokọ a nwere ndị otu bụ ndekọ n'usoro n'usoro nke Vladmir Prop bụ onye isi ha. Ọ bụ usoro nke Vladmir Prop nke ọ kpọrọ "Morphology of Folktales" n'asụsụ Bekee ka a ga-agbaso n'itụcha ejije a bụ *Eruru*. Atụtụ a kwadoro na akụkọ ifo na-enye agwa dị iche iche ọrụ yiri onwe ha n'elu ụwa gbaa gburugburu nke akụkọ ifo Igbo dị n'ime ya.

Nwadike (1992) kwuru na ejije bụ njije mmadụ na-ejije ekereke. Ọ sịkwa na ejije bụ ụdị agụmagụ e mebere maka nkwago na obom, ebe ndị na-emepụta ejije na-ewere ọnọdụ dị ka agwa. Ọtụtụ ndị derela akwụkwọ nyere nkọwa dị iche iche banyere ejije. Igiligi na Ogenyi (2002) kọwara ejije dị ka ụdị nka, nke na-esite na mkparịta ụka na emereme, ma na-akọwapụta ọchịchọ ụmụ mmadụ. N'aka nke ọzọ, Okebalama (2003) kọwakwara ejije dịka ihe na-ejije agwa, ọdịdị ọnọdụ anụ ọhịa na anụ ụlọ, mmụọ na mmadụ, tinyere ihe ọ bụla dị n'ụwa ndị ahụrụ anya na ndị a hụghị anya. N'ịkwado ihe Okebalama (2003) kwuru, Ikeokwu na Onyejekwe (2004) kwadoro na ejije bụ njije ihe mmadụ abụghị. Nchọcha a hụtara ejije dị ka agụmagụ nke na-akpa agwa ka ihe ọ na-anọchite anya ya sịrị dị.

*Eruru* bụ akụkọ ifo nke e dere n'ụzọ ejije banyere otu nwa agbọghọ aha ya bụ Erurunwa onye enweghị nne ma ọ bụ nwee nna. Eruru tara nnukwu ahụhụ n'aka nne ya ukwu bụỤrịọnụ (nwunye nna Eruru). Nwaanyị a malitere nwebe anya ụfụ n'ebe Eruru nọ maka na Ikeagwụmbe nwere mmasị n'ebe Eruru nọ. Ụrịọnụ gwara Eruru ka ọ gaara ya Eke Ụkpana ndị mmụọ, zụta azụ mpete nke ọ bụ nwa ya bụ Akwanwa na ndị enyi ya tara mgbe ọ nọghị n'ụlọ. Ihe o ji ziga Eruru ebe ahụ bụ maka na ọ maara naonye ọbụla gara ebe ahụ agaghị alọta ọzọ. Ụrịọnụ nupụrụ isi n'arịrọ ndị mmadụ rịọrọ ya ka Eruru hapụ ije Eke Ụkpana ndị mmụọ. Eruru mechaara gaa Eke Ụkpana ndị mmụọ ma lọta site n'enyemaka otu agadi nwaanyi Eruru zutere n'ụzọ butere ya ibu ya. Eruru bụlatara ọtụtụ ihe onyinye dị ka; akwa, ọlaedo, mgba aka, akpụkpọ ụkwụna ọtụtụ iheọma ndịọzọ. Akụkọ a na-eme ka anyị mata na mmegbụ mmadụ adighị mma.

Odee akwụkwọ ejije *Eruru* bụ Nwaozuzu, Gabriella Ihuarugo. Ọkankuzi, Nwaozuzu, G.I. gụrụ akwụkwọ na mahadum Naịjirịa dị na Nsụka site n'afọ 1977 ruo 1981 ebe o jiri nzeredigiri kacha elu (nke ndị Bekee na-akpọ "First Class Degree") wee pụta. *Eruru* bụ otu n'ime akwụkwọ G.I. Nwaozuzu dere iji ejije werekuziere ndị mmadụ na mmegbu ụmụodibo adịghị mma.

**2.0 Ntụleghari̥ agụmagụ**

N'ebe a, a tụlere nchọcha dị iche iche ndị ọka mmụta agụmagụ derela gbasara isiokwu nchọcha a. Ebumnobi nke a bụ iji chọpụta ebe ọrụ ha si yite ma ọ bụ dị iche n'ọrụ nchọcha a, nakwa iji mata ma o nwere mperi dị n'ọrụ ha, nke a ga-eji ọrụ nchọcha a mechie. Na nkebi a, e nyochara atụtụ n'isiokwu, atụtụ n'ọrụ, nchọcha a hụrụ anya e merela n'isiokwu a.

**2.1 Atụtụ n'isiokwu**

Nchọcha a gbasoro atụtụ ndokọ n'agbanyeghị na ejirla ọtụtụ atụtụ were kọwa akụkọ ifo. Onye chọpụtara atụtụa n'agụmagụ bụ Vladmir Prop n'afọ 1928. Ihe bụ ebumnuche nwa amadi a n'atụtụ ya bụ maka agụmagụ. E nwere ndị otu abụọ gbasara atụtụ ndokọ, ndị otu nke mbụ bụ ndị otu ndekọ n'usoro n'usoro. Ndị a na-ekwu na e nwere ụdọ jikọrọ akụkọ ma ọ bụ emereme dị n'iduuazị ma ọ bụ ejije ma ọ bụ kwanụ akụkọ ifo. Ebe ndị otu njụ ma ọ bụ ndịniro na-agba mbọ ịchọpụta agwara na-ama onwe ha aka n'ihu n'akụkọ. Atụtụ a chọpụtara na akụkọ ifo ụwa dum bụ otu; ọ sọ ya bụrụ nke ndị Russia, na o nwere ihe o ji yite akụkọ ifo ndị Igbo. Ọ bụn'ihe ịma aka n'ihu ndị a ka ha na-agbado ụkwụ were atụcha agụmagụ.

Vladmir Prop bụ onye isi ndị otu ndokọ n'usoro n'usoro bipụtara akwụkwọ ọkpọrọ *Morphology of Folktales.* Prop chọpụtara ụfọdụ emereme nke akụkọ ifo ndị Russia na-enwekarị mgbe a na-emebe ha.

**2.2 Ntụleghari̥ edemede nchọpụta dị iche iche gbasara isiokwu**

Ọtụtụ ndị ọka mmụta na ndị ntule agụmagụ ederede Igbo emeela ọtụtụ nchọcha ma depụtakwa ederede nchọcha dị iche iche na ngalaba ejije ederede Igbo. N'ebe a, a tụlere nchọpụta ha dị iche iche. Sweet na Resick (1979) lebara anya na mmegbu ụmụaka, were kọwa na ụmụaka ndị a bụ ndị a na-ahụta dị ka ndị enweghị nne na nna. Nke a kpatara naeleghaara ha anya, megbuo ha ma ọ bụ refuo ha n'ohu. Ha gara n'ihu zipụta ụfọdụ mmegbụ ọzọdịka ụmụaka ibughari̥ ahịa, nwata irugbu onwe ya n'ọrụ na iti nwata oke ihe. Myiri dị na nchọcha ya na nke a na-eme ugbu a bụ na ha abụọ na-eleba anya n'ọnọdụ ụmụodibo na ntaramahụhụ sotere ha naya. Ma na ndịiche dị na ha abụọ bụ na nchọcha ugbu a ji akụkọ ifo were akuzịrị mmadụ ihe banyere mmegbu ụmụaka.

N'ederede ọzọ, Okafor (2010) lebara anya n'ọrụ ike nwata na-arụ na ihe ọ na-eweta na mmepe na Naịjirịa. Nchọpụta a mere ka amata na ọ bụ

ụmụaka na-arụkarị ọrụ ike n'ezinụlọ ha na-agba odibo, mana anaghị elekọta ha anya nke ọma. Okafor (2010) mekwara ka a mata na ụmụaka ịgba odiboezinụlọ ka pụtakarịa ihe n'obodo mepere emepe na Naịjirịa. Ụmụ odibo ndị a bụ ndị a na-enye mkparị, na-emegbu, ma na-eme ha ihe ọzọ ọjọọdị iche iche. N'ịga n'ihụ, Awosusi na Adebo (2012) na nchọcha ha tụlekwara maka odibo ezinụlọ, onye sitere n'ime obodo gaa obodo mepere emepe na Naịjirịa. Ha zipụtara ihe ndị na-ebute ụmụaka ịgba odibo dịka enweghị ego ịkwụrụ ụmụaka ụgwọ akwụkwọ, amaghị akwụkwọ, agụụ dg. Ha chọpụtakwara na ụmụodibo ndị a na-arụ ọrụ ike n'ezinụlọ nna ha ukwu, ma na-agakwa ozi ogologo oge, nke na-emetụta ọnọdụ ahụ ike ha.

N'otu aka ahụ, Nwazuoke na Igwe (2016) nyochara ụfọdụ ọrụ ike dị njọ nwata na-arụ were na-ekwu na ọrụ ike ndị a gụnyere: ịgba odibo, ịtụ mgbere ụmụaka, idunye nwata nwaanyị ịgba akwụna, mmanye nwata ịrụ ọrụ ike na ịrụ oke ọrụ. Na nchọpụta ha, ha mere ka a mata na ọrụ ike dị njọ nwata na-arụ, na-amalite n'ịgba odibo, ndị nwe ụmụ odibo ndị a ji ha akpata akụ na ụba. Ossai (2016) na nchọpụta ya lebara anya n'ọnọdụ ụmụ odibo n'ụfọdụ iduuazị Igbo. Nchọcha ya gbadoro ụkwụ n'atụtụ nchụta akụ. Nchọcha ya gosịrị na e nwere ụdị odibo dị iche iche na ọrụ dị iche iche ha na-arụ n'ebe ha hụtara onwe ha. A chọpụtakwara naihe eji maka ya agba odibo gụnyere; ihe isi ike, ogbenye, inye aka, mmụta na nkụzi. Nchọcha a na-egosi na ntaramahụhụ ụmụ odibo nwere ike iduzi ma ọ bụ iduhie ha na ndụ.

### 2.3 Nchịkọta ntụleghari agụmagụ

Site na ntụleghari agụmagụ e mere, a ga-ahụ na ọtụtụ ndị ọkammụta na ndị ntụle agụmagụ Igbo nyochara ọnọdụ ụmụ odibo n'ụzọ dị iche iche. Ha depụtakwara ọtụtụ ederede gbasara ha. Mana e lezie anya nke ọma, a ga-achọpụta na ederede ha kara gbado ụkwụ n'ihe ndị na-ebutere ụmụaka ịgba odibo nke gụnyere; enweghị ego, agụghị akwụkwọ, inye nkụzi ma ọ bụ mmụta ihe dg. Nke a na-egosi na o nwekebeghị nchọcha doro anya e merela gbadoro ụkwụ n'iji ejije dị ka enyo were hụta mmegbu ụmụodibo n'oge ugbu a, ya na ụzọ aga-esi belata ya. A na-atụ anya na nchọcha a ga-enye aka mee ka amata ahụhụ ụmụodibo na-ata ya na ụzọ dị iche iche a ga-esi nye aka belatara ha ahụhụ.

### 3.0 Ntụcha ngwa nchọcha

Odee ga-agbaso usoro "*Function of dramatic personae*" bụ ọrụ agwa n'ejije, nke Vladmir Prop n'ịtụcha akwụkwọ ejije *Eruru* ka o nwee ike zipụta mmegbu dị ka ọ dị oge ugbu a.Ụfọdụ akparamagwa nwa odibo a na-emegbu emegbu zipụtara n'ejije a gụnyere:

### 3.1 Ọpụpụ

N'ebe a, Erurunwa hapụrụ ụlọ site na ntuzị aka nne ya ukwu na ọ ga-agarịrị Eke Ụkpana ndị mmụọzụta azụ mpete. Eke Ụkpana bụ ahịa ndị mmụọ, mmadụ dị ndụ anaghị azụ ya bụ ahịa.

Ụrịonụ: Ị nụbeghị na ọ bụ naanị ndị mmụọ na-azụ ya? Mmadụ ụkwụ agalaba jere ya enweghị ike ịdị ndụ lọta. Ma agụ atagbughị onye ahụ n'ụzọ, o jisie ike ruo, ụmụ mmụọ akụgbuo ya (ihu 46)

Ọnọdụ dị otu a, ka ọtụtụ ụmụaka na-ahụta onwe ha n'ezinụlọ dị iche iche ebe ha bi. Ụfọdụ ka ana-ebunye ngwa ahịa karịrị ha ka ha buru gagharịba n'ahịa na-ere ganye na ha erecha ya. Ihe onye bunyere ha ngwa ahịa maara bụ ego ole nwata ahụ retere n'ụbọchị. N'agbanyeghị ihe ọdachị dị iche iche nwata ahụ nwere ike izute n'ụzọ dịka ndị ntọrị mmadụ na ndị ohi, ihe mberede okporo ụzọ, ịtụfụ ego dg.

### 3.2 Nhia ahụ

Mgbe Eruru na -aga n'ụzọ, ọ tara nnukwu ahụhụ n'ihi na ọ dịbeghị onye gara Eke Ụkpana ndị mmụọ lọta na ndụ.

Ọkọakụko: Ọ dịla onye garala Eke Ụkpana ndị mmụọ lọta na ndụ? Nke Eruru, ọ ga-adị iche? Kedụ maka ọhịa agụ, ọ ga-esi ụzọ ya agafe? Eruru ọ ga-eze otu ka ọ bụ abụọ?.... (ihu 53).

Eruru ezuteghị onye ọ bụla n'ụzọ mgbe ọ na-aga belusọ anụmanụ rue oge otu agadị nwaanyi zutere ya n'ụzọ. Ọ bụ otua ka ọtụtụ ụmụaka si ahụsị anya n'ebe dị iche iche ha bi site n'ịrụ ọrụ karịrị ha, ibilite n'oge tupu ndị nwe ụlọ ekulie, ilekọta ụmụaka dịka a ga-asị na ha bụ ndị nne dg.

### 3.3 Nkọsara

N'ebe a, Eruru zutere otu agadị nwaanyị onye jụrụ ya onye ọ na-achọ ebe ahụ n'ihi na ahụbeghị mmadụ dị ndụ gara n'ala ahụ lọta. Eruru malitere bewe akwa, gụwa egwu ndịa:

Eruru: Nne agadị; une
Biko egbula m o; une
Egbula mụ o; une
Egbula nwa enwe nne; une
A tachaa asa; une
Ebo ya nwaenwe nne; une…. (ihu 54)

Agadi nwaanyị gere Eruru ntị n'akwa arịrị ọ na-ebe, ha abụọ were soro gaba ya bụ njem ebe Eruru nyere aka butere ya abọ obu n'isi.

Taa ụmụodibo na-enwe ndị ha na-akọsara ọnọdụ ha dịka ndị nkuzi, ndị agbataobi ma ọ bụ ndị okenye nọ na gburugburu ha.Ndị a nwekwara ike nyere ha aka n'ụzọ ndụmọdụ, ma ọbụ gwa nne ha ukwu okwu ka o beleta ahụhụ ụmụodibo ahụ na-ata, ma ọ bụnye ha ego dg.

**3.4 Nnyemaka**

Agadi nwaanyị ahụ nwere afọ ojuju n'ihi aka Eruru nyeere ya, were akwa ọkụkọ nye ya ka ọ bụrụ ihe ga-edu ya mgbe o nwere ihe mgbagwoju anya ọ bụla.

Agadi nwaanyị: …lee akwa ọkụkọ were, ọ bụ ihe iribaama maka udo. Ebe ọbụla i nwekwara ihe mgbagwoju anya, tinye akwa a na ntị, gee ntị nke ọma ma mee ihe ọ ga-agwa gị (ihu 56)

Ọ bụ otu a ka ọtụtụ ụmụaka a na-emegbu emegbu sị enweta enyemaka n'aka ndị ọzọ hụrụ ụdị ahụhụ ha na-ata. Mgbe ụfọdụ ha na-esi n'ụzọ dị etu a baa uru n'ụwa taa.

**3.5 Nnwale ọchọọ**

Eruru zutere agụ n'ụzọ nke chọrọ ịdọgbu ya, o wee malite gụwara agụ egwu ndị a:

Nna m agụ; une
Biko egbulam; une dg. (ihu 57)

Agụ nụchara akwa Eruru hapụ ya ma nye ya ụtụ nke ga-enyere ya aka n'ụzọ.

Eruru gere akwa ahụ agadị nwaanyị nyere ya ntị were jide ụtụ ahụ agụ nyere ya n'ihi na ọrụ ha ga-arụ ka dị n'ihu. Mgbe Eruru zutere ọzọdịmgba, ha ṅụrịrị ọṅụ na anụ adaala taa mana Erụrụ rịọrọ ha na ya bịara ife udo ka ha hapụ ịgbu ya. Ọ wụsaara ha ụtụ ahụ agụ nyere ya n'ala, ha na-abụkarị ya na-aṅụrị.

Ndị ọzọ Eruru zutere n'ụzọ bụ ndị mmụọ. Ha chọrọ ịgbu ya mana Eruru wepụtara akwa ka o gee ntị, ndị mmụọ ahụ e tie mkpu na ọ ga-anwụrịrị maka na o ji mkpanaka nne ha. N'otu ntabi anya, agadi nwaanyị ahụ ji ike eje ije agara bata sị ha hapụ Eruru.

**3.6 Mmeri**

Ụmụ mmụọ hapụrụ Eruru, were bunye ya igbe ka o buru laa. Eruru naara ha igbe ma na-ama jijiji. Agadi nwaanyị ahụ nyekwara Eruru azụ mpete ka o nye nwunye nna ya ka ọ hapụ ya. Eruru kelechara ha ma otu mmụọ a na-akpọ isi Belebele sooro ya pụọ.

**3.7 Nlọghachị**

Eruru lọchitere azụ n'ụlọ ha mgbe a atụghị anya ya. Ọ dị Ụrịọnụ ka ọ bụ na nrọ. E bupụtara igbe o buru lọ, wepụta azụ mpete. Ndị ogbe gbakọrọ, onye ọ bụla na-agbara anya ya ihe nkiri. Ọlaedo, ego na ihe ọma dị iche iche ka o bu lọta.

Otu a ka ọ dị taa, mgbe ụfọdụ, ụmụodibo na-emechaa n'ikpe azụ ghọọ nnukwu mmadụ baa ọgaranya, nke a na-abụkarịrị nne ha ukwu ihe mgbagwoju anya.

**4.0 Nchịkọta na mmechi**

Site n'ejije a e nyochara, a chọpụtara na ejije a bụ enyo e ji ahụta mmegbu ụmụodibo n'oge ugbu a. E nwere ọtụtụ ụzọ e si emegbu ụmụodibo dịkaidunye ha ozi tara akpụ, ibo ha ebubo asị, ịkọ ha ọnụ, iti ha oke ihe, enyeghị ha nri, dg. Nchọcha a kọwara ahụhụ niile Eruru tara dịka ibo ya ebubo asị, iti ya oke ihe, idunye ya ozi tara akpụ, dg. Ahụhụ ndị a niile adịghi iche n'ahụhụ ụfọdụ ụmụodibo na-ata n'ala anyi taa n'aka ndị nlekọta ha. Eruru mechaara n'ikpeazụ bulata ọtụtụ ihe ọma dị iche iche dịka ọlaedo. Nchọcha a gbasoro atụtụ ọrụ agwa n'ejije nke Vladmir Prop nke na-enye agwa ọrụ yiri ibe ha n'akụkọ ifo ụwa dum.

Akụkọ a na-eme ka a mata na mmegbu ụmụodibo adịghị mma. Ndị nchọcha a na-atụ aro ka gọọmenti kwadosieike ndị otu na-ebu agha megide mmegbu na ịtụ mgbere ụmụaka (NAPTIP-National Agency for the Prohibition and Trafficking in Persons), ka ha na-enye aka taa onye ọ bụla e jidere na-emegbu ụmụodibo nnukwu ahụhụ. E kwesịrị ime ka iwu na-akwado ikikere ụmụaka dị ire na steeti niile n'ala Naijirịa, ka onwe ike na-echekwaba ụmụodibo niile. Ọzọ bụ na a ga na-akụzi maka mmegbu ụmụodibo ebe niile dịka na ntaneti, igwe mgbasa ozi onyoonyo na redio, ọgbakọ ndị nne, na nke ndị nna. Nke a bụ ka ewee nwee ike katọọ ya bụ ajọ omume ma kuziere ndị mmadụ ihe dị mma.

**Edensib**ịa


Awosusi, O. & Adebo, G. M. (2012). "Domestic Servants and Rural Youth Urban Migration in Nigeria". *Journal of Humanities and Social Science*. Vol. 2. No. 5.

Baum, W. (2005). *Understanding Behaviourism: Behaviour, Culture and Evolution*. (2nd ed). Wiley: Blackwell.

Eke, J. G. I. (2001). *Igbo-English Dictionary(Ọkọwa okwu)*. Enugu: New Generation Books.

Engleton, T. (1976). *Maxism and Literary Criticism*. London: Metheum Books.

Greiner, L & Schein, V.E. (1988). *Power and Organisation Development. Mobilizing Power to Implement Change*. Alexandra: V. A. Prentice Hall.

Igiligi, B & Ogenyi, S. (2002). *Literature for Enjoyment: An Introduction to Nature, Genress and Theories of Literature*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Ikeokwu, E. S. & Onyejekwe, M. C. (2004). *Mmalite Ọmụmụ na Nghọta Ejije Igbo*. Enugu: CIDJAP

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azonye: Lecturers on Igbo Literature and Stylistics*. Nsukka:Universityof Nigeria Press.

Ngara, B. (1985). *Arts and Ideology in the African Novel*. London: Heinemann.

Nwaozuzu, G. I. *Eruru*. Enugu: Format Publishers Nigeria.

Nwazuoke, A. N. & Igwe, C. A. (2016). "Worst Form of Child Labour in Nigeria. An Appraisal of International and Local legal Regimes". Faculty of Law, Ebonyi State University, Abakaliki, Nigeria.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ifunanya Publishers.

Odilora, U. (1974).*Ọkpa Akụ Eri Eri*. Onitsha: University Publishing Company.

Ogene, M. S. (2010). *Literary Appreciation*. Enugu: Noliu Educational publications.

Okafor, E.E. (2010). "Child Labour Dynamics and Implication for Sustainable Development in Nigeria". *Journal of Sustainable Development in Africa*. No. 5.

Okebalama, C. N. (2003). *MkpọliteAgụmagụ lgbo*. Enugu: SNAAP Press.

Ossai, M. N. (2016). "Ọnọdụ Ụmụodibo n'ỤfọdụIduuazi Igbo". Akwụkwọ ngụpụta Ph.D.e dere na Ngalaba Lingwiistiks, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Rachilin, H. (1991). *Introduction to Behaviourism*. (3rd ed.). New York: Freeman.

Sweet, J. B. & Resick, O. (1979). "The Maltreatment of Children: A Review of Theories and Research". *Journal of Social Issues*. vol. 6. No. 35.

Watson, J. B. (1913). Behaviourism Theory. https://en.wikipedia.org/wiki/John.Bwatson. Oge a gụtara:20/2/19

# EBE A GA-AHỤ AKỤKỌALA NDỊ IGBO

**Ifeyinwa Cordelia Isidienu**

**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa**
**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka**
**Steeti Anambara, Naịjirịa**
**ic.isidienu@unizik.edu.ng**
**08033027892**

## Ụmịedemede

Akụkọala bụ akụkọ dị iche iche na-akọ maka ndụ agbụrụ, ọkachasị ihe megasịrị n'agbụrụ n'oge gboo, dịka etu agbụrụ ahụ siri malite, ndị dị iche iche kpara ike n'agbụrụ ahụ n'oge ochie, na ihe ndị ọzọ megasịrị n'agbụrụ ahụ. Akụkọala dị nnukwu mkpa na ndụ agbụrụọ bụla. N'ihi nke a, o kwesịrịna a ga-achọpụta ụzọ e si achịkọta ihe e ji ede akụkọala Igbo. Nchọcha a gosiri na e si n'ụzọ dị iche iche dịka n'akụkọ si n'aka nna fere n'aka nwa, amụmamụ gbasara ihe ọkpụe gwupụtara n'ala, lingwistiks na ihe ederede dị iche iche achịkọba akụkọala Igbo. Nsogbu bụnaụfọdụ usoro ndị a e si achịkọbaakụkọala ndị Igbo riri mperi dị egwu, nke a mere na enweghịnkwekọrịta n'etiti ndị Igbo otu ụzọ a ga-esi chịkọba akụkọala ha. Nsogbu ọzọ bụnaịgbaso otu n'ime usoro ndị a kpamkpam nwere ike iduhie ndị mmadụụzọ. A tụchara usoro nchịkọba ndịa iji mata usoro kasị mma onye Igbo ga-esi chọta nhibereisi akụkọala ya. Ngwaọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ n'akụkọọdịnala, ihe ọkpụ, asụsụ, tinyere ederede. Nchọpụta gosiri nantọala agbụrụọ bụla hibereisi n'akụkọala ha. Akụkọala na-enye aka ahazi ndụ agbụrụ mee ka ndị na-etolite etolite chekwaa ntọala ha, ma gbaa nnukwu mbọ ihibe ntọala bụọkaibe maka ọdịniihu n'ihi naonye amaghị ebe mmiri nọ mawa ya anaghị ama ebe ọ nọ kwụsị.

## Okwu mmalite

Ndị Igbo bi n'ala Igbo ma na-asụkwa asụsụ Igbo.Ọ bụrịị eziokwu na e nwere ụzọ dị iche iche ha si asụ ya n'ihi olu asụsụ Igbo e nwere na mpaghara ala Igbo dị iche iche, ma nkea emeghị ka ha ghara ịbụ otu. Ekwealor (1989:10) kwuru na Onwuejeogwu (1981) kọwara na ala Igbo sitere n'Agbọ naKwale nke steeti Delta wee gbadaa Ahoada, Diobu na Ụmụabayị dị na mpaghara Pọt Hakọt. Ọ gafekwara Arọchukwu nke dịna steeti Abịa ruo Afikpo na Isiagụ nke mpaghara Abakaliki. Ebe ahụ ka o si gbagoo Enugwuezike nke mpaghara Nsụka ma gafekwaa Ebu nke ala Igbo

ofesị Naija. Nkọwa a gosiri nandị Igbo bi n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa ma bijupụta na steeti Anambara, Enugwu, Imo, Abịa na Ebonyi. Ụfọdụ ndị Igbo bikwa na mpaghara ụfọdụ na steeti Rivas, Delta na Akwa Ibọm.Otu nnukwu ihe jikọrọ ndị Igbo niile ọnụ bụna ha bụotu agbụrụ, e ji asụsụ ha, ịgba mbọ na ịrụsị orụ ike wee mara ha.

Agbụrụ niile dị n'ụwa, tinyere ndịIgbo nwere akụkọala, nke na-egosi etu ha siri malite ndụ tupu ha biri ebe ha bi taa.Ọ bụrịị eziokwu naobodo ọ bụla dị n'ala Igbo nwere akụkọala nke ha, ma e nwere otu ntọala jikọrọ obodo niile dị n'ala Igbo ọnụ. E detuela ọtụtụ akụkọ na-ekwu ebe ndị Igbo si malite ndụ, mana ọ dịghị mgbe ndị Igbo niile kwekọrịtara n'otu n'ime akụkọniile ndị ahụ a kọrọ. Ihe ọ pụtara bụnaọ dị nnukwu mkpa ịchọpụta usoro a ga-agbaso wee chịkọta akụkọala Igbo nke ga -enye ezi ntuziaka ebe ntọala ndị Igbo hibereisi. N'ihi nkea ka nchọcha a ji kpebie ileba anya n'ụzọ dị iche iche a ga-esi kpokọba akụkọala Igbo ma tụpụta usoro e nwere ike isi chịkọọ ha ọnụ.

**Ọgbatauhie enwere n'ịchịkọba akụkọala Igbo n'oge ochie**

Ime ihe ụfọdu, tụmadịịmalite ihe anaghị adịcha mfe.Nke a mere ịchịkọba akụkọala Igbo ji nwee nsogbu cheere ya aka mgba. N'oge ochie, enwekebeghị ihe e dere ede gbasara ndị Igbo maọbụ gbasara ndụ ha. Ihe butere nke a bụna agụmakwụkwọọgbara ọhụrụ abataghị ala Igbo n'oge ahụ. Orji (1999:1) kọwara na e nweghị ihe ndepụta ọ bụla e nwere n'akụkọala Igbo n'oge ochie nke a na-enwe akụkọala achịkọbara na-ekwu na ha si ebe ọzọ bịa biri ebe ha bi taa. E lee anya, a ga-achọpụta na ihe kpatara ya bụ na o nweghị ndị gụrụ akwụkwọ n'oge ahụ nwere ike ide ihe maka akụkọala Igbo. O woro ewu naọkụkọ anya na usoro ọchịchị ndị Igbo n'oge ochie adịghị ka nke ndịụfọdụ n'ala Naịjirịa n'ihi na ọ dịghị mgbe ndị Igbo nọọrọ n'okpuru otu onyeọchịchị. Ekwealor (1989:63) kwuru na "Ọ bụ n'ihi na ndị Igbo enweghị oge ha ji nọrọ n'okpuru otuọchịchị dịka otu nnukwu ebo, tinyekwara na obodo ọ bụla kwụụrụ onwe ya ma na-achịkwa onwe ya, ka ụfọdụ ndịọchadere akụkọala mba ojii Afrịka ji leghara ndị Igbo anya…."

Ihe nke a pụtara bụnaọdịghị mgbendị Igbo nọọrọ n'okpuru nnukwu eze na-achị otu ebo buru nnukwu ibu. Nchọpụta e mere na-egosi na ebe ọ bụla e nwere otueze na-achị nnukwu ebo, naa na-enwe ndịọ bụọrụ ha ịbụrụ eze ahụ abụ otuto, ọkachasị oge a na-eme nnukwu mmemme. Mgbe ọ bụla a na-abụ abụ dị etu a, a na-akọwapụta ọtụtụ ihe dị iche iche na ndụ agbụrụ ahụ. Isidienu (2016:56) mere ka a mata na "Abụọdịnala dị iche iche na-enyere anyị aka ịmata ka obodo dị iche iche si ebi ndụ ha, n'ihi na ọ bụ site n'inyocha ụdị abụọdịnala dị iche iche na ụdị okwu a na-ekwuga na ya ka anyị ga-esi mata etu obodo maọbụ agbụrụọbụla si eme ihe nke ha." E nwere ike isi n'ụdị abụ dị etu a, na-agụpụta ndị eze chịbugoro obodo ahụ.

A na-agụpụtakwa ọrụ dị iche iche ha ruuru obodo.A na-esitekwa n'ụdị abụ a kọwapụta ihe ụfọdụ megoro na ndụ agbụrụ ahụ tinyere ndị mmadụ kpagoro ike na ihe ha mere. A na-esite n'ụzọ dị etu a chịkọba akụkọala agbụrụ ahụ, ma dịka nchọpụta si dị, e nweghịụdịọnọdụdị etu ana ndụ ndị Igbo n'oge ochie.

Nsogbu ọzọ enwere bụna oge ahụ, ọdịghị mgbe ndị Igbo ji nwee ịnụọkụ n'obi ikpokọbaakụkọala ha. E nwere ike ịsị na ọ bụ oge otu nwa amaala Igbo bụọkammụta n'akụkọala depụtara otu akwụkwọọ kpọrọ*Trade and Politics in the Niger Delta*(Dike 1959) ka ederede n'akụkọala Igbo ji malite n'uju. A chọpụtara naakwụkwọa abụghị maka akụkọala kpọmkwem mana ọ rụtụrụ aka n'ihe gbasara akụkọala.

**Usoro a na-agbaso were enweta ihe e ji achịkọba akụkọala Igbo**

Nchọpụta e mere gosiri na e nwere ike isite n'ụzọ dị iche iche chịkọba ihe e ji ede akụkọala Igbo. Ụfọdụ n'ime ha bụ akụkọ si n'aka nna fere n'aka nwa,amụmamụ gbasara ihe ọkpụ e gwupụtara n'ala,amụmamụ sayensị asụsụ(lingwistiks) tinyere ihe e dere ede.

**Akụkọ si n'aka nna fere n'aka nwa**

Ndị Igbo ji akụkọọdịnaala azụlite ụmụaka n'oge ochie, ma ewezugaiji ya kuziere ha ịgba mbọnaịdị uchu, e jikwa ya enye ha ndụmọdụ na ezi mgbazi. A na-akọkarị akụkọa n'oge abalị ma e risie nri abalịtụmadị oge ọnwa na-eti. N'agbanyeghị nke a, akụkọọdịnaala enweghị ebe maọbụ oge; e nwere ike ịkọ ya mgbe a na-aga ọrụugbo, oge a na-echu mmiri,n'ama egwuriegwu, dg. Ọ bụ naanị n'ọnụ ka a na-akọ ya; a kọọrọ nna, nna akọọrọ nnwa ya. Ọ na-esi n'akafere n'aka. Ogbalu (2006:19) kwuru na akụkọọdịnaala bụ amamihe ahaziri site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ, nke a na-ahafe site n'aka nna fere n'aka nwa. E ji ya akụziri ụmụaka ịkpa ezi agwa naịdị garagara. Ụmụaka na-esi n'aka nne na nna na ndị tọrọ ha amụta ihe.Mgbe ụfọdụ, ha na -eme nke a site n'ileru anya n'ihe a na-eme. Ụmụnwaanyị na- anọnne ha nso were amụta ihe dị iche iche dịka isi nri, ịkọọru ugbo, iku nwa, ịdịọcha na idebegburugburu ọcha, dg. Ụmụnwoke na-anọdebe nna ha iji mụta akaọrụ dị iche iche ha ga-eji bi ndụ, a na-akụzikwara ha iwu obodo, nsọ obodo na akụkọala obodo ha.Kanụ ( 2015:63) n'ịkwado echiche a kwuru na mgbe ụfọdụ, ụmụnwoke na nna ha, nne na ụmụya ndị nwaanyị anọrọ iche iche, nna ana-akụziri ụmụ ya ndị nwoke maka agha, nne ana-akụziri ndị nwaanyị ihe ga-enyere ha aka ịrụọrụ ha dịka nne na ịbụ nwunye n'ọdịniihu. Ogbalu (2011:56) kwuru na akụkọọdịnaala sitere n'anụmọkụn'obi ndị mmadụ nwere ịkọrọ ndịọzọihe ha hụgoro na ndụ, ka ha wee keta oke n'etu ha si hụta ụwa, ka e wee site na ya gbazieere ọha, katọọ ajọ agwa ma kụnye mkpụrụịhụnanya. O kwuru naakụkọọdịnaala Igbo bụ nchịkọta usoro obibi ndụ ndị Igbo. Nke a gosiri

nnukwu mkpa akụkọ ọdịnaala dị n'ịhafe ụzọndụ tinyere akụkọ mmalite, akụkọ dikena ihe niile gbasara ndụ agbụrụ.Ihe ọ pụtara bụ na a na-esite n'ihe dị na gburugburu tinyere ihe na-eme na gburugburu achịkọba akụkọala. N'ihi nke a ka akụkọala ji bụrụ nchịkọta omenala ndị,ọdịnaala naewumewu, nsirihụndụ, olileanya na nchekwube agbụrụ

**Akụkọmmalite**

Akụkọ okike,mbido maọbụ akụkọ mmalite sokwa n'otuụzọ e si achịkọta akụkọala Igbo.Ọ bụ akụkọ na-egosi etu ihe dị iche iche si malite maọbụ wee dịwa. Akụkọ gbasara Eri, mmalite ji na ede bụ ndị a gaghị echefu mgbe ọbụla a na-akọ maka mmalite ndị Igbo. N'ihi nke a, ka Madubuko(1994) jiri kwue na akụkọ gbasara akụkọala ndị Igbo agaghị ezu oke maọbụrụ na etinyeghị akụkọ gbasara Eri-Nri. E nweghị akụkọ mmalite mmadụ n'ala Igbo dịka ọ dị n'agbụrụ ndị Juu nke kọwara na Chinenke ji aja kpụọ mmadụ ma kunye ya ume ya. N'agbanyeghị nke a,ụfọdụ obodo n'ala Igbo nwere akụkọ mmalite dị iche iche kọwara etu mmadụ si malite. Ndị Nri kwenyere naọ bụ site na nzidata Chineke zidatara mmadụ (Eri) ka Nri siri mụsaa ụmụ gbasara ala Igbo niile. A kọrọna Chineke si n'eluigwe zidata Eri. Oge Eri gbadatara, ọ chọpụtara na ebe niile bụ mmiri mmiri na apịtịapịtị ma chọpụta na ebe ahụ adịghị mma obibi,wee kọọrọ Chineke ihe
ọ hụrụ. Chineke gwara ya kaọ kpọọ ndịỌka n'ihi na ha na-akpụụzụ, ka ha were eko ha bịa mịkọọ mmiri ahụ. Eri mere ihe Chineke gwara ya, nke a wetere ala ọkpọọ ma mee ka Eri nọrọzịa biwe ndụ.Ọ lụtara nwaanyị a na-akpọ Nnamoko onye mụtaara ya ụmụ.Oge ahụ, Chineke ji azụ igwe azụ ha nri, ma ka ha na-abawanye n'ọnụọgụ, azụ igwe anaghịzị ezuru ha. Eri kọsaara Chineke nsogbu ha, Chineke gwara ya ka o gbue diọkpara ya, bepụ ya isi ma lie ya otu ebe. Eri mere ihe a gwara ya, ka oge na-aga, ahịhịa malitere itopụta ebe ahụ, Eri kọsaara Chineke, ma ọ gwara ya legide ahịhịa ahụanya wee ruo mgbe ọ kpọrọ nkụ. Ka ahịhịa ahụ kpọrọ nkụ, Eri kọọrọ Chineke onye gwara ya ka o gwupụta ya ka o nye nwunye ya ka o sie, ka ha rie. Oge ha risiri ya, ha hiri ụra dịegwu. Oge Eri gwara Chineke ihe merenụ, Chineke gwara ya na ihe ha riri bụ ji, ka o were ya zụwa Igbo niile nri. Ọbụn'ihi na ji topụtara n'isi diọkpara, mere o ji bụrụ isi ihe ụmụnwoke na-akọpụta n'ala Igbo niile. Nke a gosikwara ụdị ugwu a na-akwanyere
diọkpara n'ala Igbo dum. Oge ndị mmadụ na-abawanye,ji anaghịzị ezuru ha.Eri kọsaara Chineke maka ajọọnọdụ ahụ.Chineke gwara ya ka o gbue ada ya bepụ ya isi, lie otu ebe.Ọbụrụnaahịhịa tolite, ya legide ya anya, ma mee ihe niile o mere oge o liri diọkpara ya. Ka o gwupụtara ihe dị n'ala, o nyere nwunyeya,o sie, ka ha risiri ya, ha hiri ụra ọtụtụụbọchị. Ka Eri kọsaara Chineke, o gwara ya naọ bụ ede ka ha riri, ọ gwara ya na ede na-edide ahụ nke na-eweta ụra. Ọ gwara ya ka o were ji na ede zụba Igbo niile nri. Eri gosiri Chineke iwe ya

n'ihi na mmadụ ekwesịghị igbu nwa ya ka o wee kpata ihe oriri ma Chineke kasiri ya obi wee nye ya ikkere ịkpụ arụ n'ala Igbo niile.

### Akụkọdike

A na-esitekwa n'akụkọ ndịichie na akụkọ dike achịkọba akụkọala Igbo. Ha bụ akụkọ ndị kpara ike n'oge ochie site n'ịrụọrụ pụrụ iche n'obodo. O nwere ike bụrụ onye buru agha bugide ma meri ndị na-emekpa obodo ahụ, o nwere ike bụrụ dimgba maọbụkwanụ dinta, dg, ha nwere ike kpaa ike n'ụzo dị egwu ma hichaa obodo ihu. Obodo anaghịechefu ụdị ndị dị etu ahụ echefu, a na -akọpụtakwa ike ha kpara site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. Ogu (1992:22) kwuru naakụkọ ndịichie dịka enyo nke ụmụaka ji akpọ omimi n'akụkọala obodo ha, ụdị akụkọ a na-ejupụta nandịmara,ịtụ egwu na nchekwube nye ndị nwe ya. Ihe niile ndị a na-egosi ihe mere na ndụ agbụrụ n'oge ochie. Nchọpụta na -egosi na akụkọ ndị a anaghị akọ maka akụkọala Igbo kpọmkwem mana e nwere ike isite na ha chikọba ihe e ji
ede akụkọala Igbo. N'agbanyeghị na e si n'akụkọọdịnala achịkọba ihe e ji ede akụkọala Igbo, a chọpụtara na akụkọ si n'aka nna fere n'aka nwa riri mperi n'ụzọ dị iche iche.Oge ụfọdụ, akụkọ ndị a na-agbanwe oge ha na-esi n'otu aka efere n'aka ọzọ, site n'ụzọ dị etu a, eziokwu anaghị apụtacha ihe. Oge ụfọdụkwa ndị na-akọ ya na-echefu ụfọdụ ihe dị mkpa, tinyere na akụkọ si n'aka nna fere n'aka nwa anaghị egosicha mgbe ihe mere kpọmkwem. Ọ na-abụkarị,'o ruru otu oge', 'mgbe elu bụ ala ọsa', 'mgbe ezi dị n'ukwu ụkwa', dg.

### Ihe ọkpụ

Ihe ọkpụ e gwupụtara n'ala bụkwa otuụzọ e si achịkọ akụkọala Igbo n'ihi na ọ na-egosipụta etu ndịIgbo siribi ndụ n'oge ochie tinyere ihe ha nwere ike imepụta n'oge ahụ. Ụfọdụ n'ime ihe ndị a na-abụ ihe e ji okwute mepụta,ihe e ji igwe mepụta, ụfọdụkwa bụ ihe e ji ụdịọla dị iche ichekpụọ tụmadịọze*(bronze)*. Anozie (2012:13) kọwara na ihe ọkpụ bụụzọ e si achịkọ akụkọala ndị site n'iji ihe a na-ahụ anya na ihe mmepụta ndị bi ebe ahụ jibu bi ndụ. Ihe ndị ahụ gụnyere: ihe mmadụ mepụtara ha jiri bi ndụ,nri ha rifọrọ,ọkpụkpụ ndịmmadụ biburu ebe ahụ, ebe ha bi maọbụ ebe ha kwagara.Nchọpụta e mere gosiri na e gwupụtara ihe ọkpụ dị iche iche na mpaghara ala Igbo ụfọdụ. E gwuputara ite ụrọ n'Igboukwu dịna steeti Anambara, gwupụtakwa ite ụrọ n'Ọbụkpa na iperipe ite ụrọ n'ugwu mahadum Nsụka na steeti Enugwu. E gwupụtakwara ụkpa na mpaghara Afikpo dị na steeti Ebonyi. Ijeoma (2012:41-42) rụtụrụ nke a aka mgbe o kwuru naihe ọkpụ e gwupụtara n'UgwuỌbụkpa na ugbo mahadum Nsụka gosiri na ndị mmadụ ebiela ebe ahụọtụtụ afọ ma nwekwaa ngwa ọdịnaala ha ji ebi ndụ. Ọ gara n'ihu kwue na ihe ọkpụ e gwupụtara n'Igboukwu gosiri na o teela nnukwu aka ndị Igbo ji nwee nka ịkpụụzụ. Ihe ndị ahụ e ji

igwe kpụ ruru ihe dịka narị kọpa ise, iri asaa na ise na ihe ndịọzọ dịnọọ ezigbo mma e ji ọze *(bronze)* rụọ. O kwuru naihe ndị ahụ e ji igwe rụọ gụnyere:waya, iperipe igwe, stepulu, agụba, mma, ntu dịka Shaw(1970, 1977) si kwue, na ihe ọ pụtara bụ na ikekwe na e nwere ebe a na-agbaze igwe ma na-akpụụzụ. N'otu aka ahụ, Onwuejeogwu (2007:41) kwuru na nchọpụta e mere n'Igboukwu gosiri ọtụtụ ihe e ji ọze rụọ ndị busi akara ichi, ụfọdụ n'ime ha ka a kọwara dịka mkpọ,figọ mmadụ yisi aka n'ụkwụ ma buru akara ichi,ọdụenyi, ihe ndịọzọ e jikwaọze kpụọdịka onyinyo ijiji, ebe, akwa igurube, isi anụmanụ dị iche iche dịka ele,mgbada,atụrụ,enwe,ejula,eke ọgba na ọtụtụ ihe ndịọzọa kpụrụ akpụ.Agbodike (2008:140) n'onwe ya kwuru na ihe egwupụtara n'Igboukwu gụnyere; ite ụrọ dị iche iche a chọrọ mma dị egwu, ihe ndị e ji igwe kpụọ, aka,ọkpụkpụ mmadụna nke ụmụanụmanụ, okpokoro isi mmadụ, tinyere okwu na ebe nchụaja. Nchọpụta e mere gosiri na e gwukwudoro ili ebe e liri mmadụ. Onye ahụ e liri nọ n'oche,jikwaa ejiji ndị eze nke na- egosi naọ bụ nnukwu mmadụ. Shaw(1967:66) kwuru na tinyere ili nnukwu mmadu a hụrụ, na a hụkwara ihe gosiri na o nwere ihe dịka mmadụ ise e ji lie nnukwu mmadu ahụ, e leghị anya ọ bụrụ ndị ohu e ji lie nna ha ukwu.Ka o sila dị, ihe kasị metụta ebe a bụ ite ụrọ egwupụtara nke yiri ụdị ndị Igbo ji ebi ndụ taa. Nke a na-egosi na oteela nnukwu aka ndị Igbo ji biri ebe ha bi taa.

Site n'usoro rediokabọn e ji achọpụta oge e jiri ihe ndị a wee bie ndụ, a chọpụtarana ihe ndị e gwupụtara n'Igboukwu dịụbara ma na-egosikwa na ebe ahụ e gwupụtara ha bụ obi eze. Ụfọdụ ihe ndị a bụ ihe e ji ọla dị iche iche kpụọ, ihe e ji ụrọ kpụọ, tinyere ihe e ji aka dị iche iche kpụọ. E sina nchọpụta a e mere n'Igboukwu mụta ọtụtụ ihe ndị gụnyere na a haziri ndụ ndị Igbo n'usoroịkpa oke n'etiti ọgaranya na ogbenye, tinyekwara ịkpaoke n'etiti nwaafọ na osu. Nke bụ eziokwu bụnaọnọdụ dị etu ahụ ka dịịrị n'etiti ndị Igbo ruo taa.

Nchọpụta na-egosikwa na site n'ihe ndị ahụ dịọnụahịa e gwupụtara, na e leghị anya na akụnaụba ndị Igbo nọ n'uju ya oge ahụ. Ihe ndị e ji ọze *(bronze)* wue n'otu aka ahụ na-ezipụta na o teela nnukwu aka ndị Igbo ji nwee anya nka ma mụtakwa ka e si emepụta ụdị nka dị iche iche. Ebe ọ bụna ọzeabụghị akụrụngwa si ala Igbo, ihe ọ pụtara bụ na ndị Igbo na-enweta ya site n'aka ndị ha na ha na-azụgharịta ahịa n'oge ahụ. Nchọpụta gosirina ndị Igbo na ndị si Sahara gbadata na-azụkọrita ahịa,e leghị anya ọbụrụọdụenyi na ndị ohu ka ndị Igbo ji agbanweta ọze. Nchọpụta a na-egosikwa na o teela ndị Igbo na ndị mba ọzọ tụmadị ndị Araabụ ji zụkọba ahịa.Ụlọ nka ole na ole a hụrụ, tinyere akụrụngwaniile e gwupụtara na-egosi na ọ bụ ndị Igbo ji ha bi ndụ n'oge ahụ. N'otu aka ahụ, ebe ọ bụ n'ichi so n'otu nnukwu omenaala e ji mara ndị Igbo, ihe ọ pụtara bụna

ndịọkwa nka mepụtara ọtụtụ ihe ndị ahụ dịka isi mmadụ e gbugara ichi bụ ndị Igbo mepụtara ha.

Ka o sila dị, nsogbu a na-enwe iji ihe ọkpụe gwupụtara n'ala ahazi akụkọala bụna mgbe ụfọdụọ na-esi ike ịchọpụta kpọmkwem oge e ji ihe ndị a bie ndụ.Ọ bụ eziokwu na usoro rediokabọn na-agbalị, ma oge ụfọdụọ naghịegosipụtacha kpọmkwem oge e ji ihe ndị ahụ bie ndụ. E nwekwara ikeịsị na ihe ọkpụ e gwupụtara n'ala naanị ya ezuchaghị oke iji kwue ihe mere n'agbụrụ maọbụ obodo, ma ka o sila dị, ndị akịọlọji na-esite n'iheọkpụ e gwupụtara n'ala egosipụta nandị mmadụ ebiela ebe ndị Igbo bi puku kwuru puku afọ. Na nkọwa ha, ha kwuru naihe ndị ahụ e gwupụtara n'ala na-agbasi ama ike na ọ bụotu agbụrụ ahụ bi ebe ahụoge ahụ ka bikwa ruo taa n'ihi myiri a chọpụtara dị n'etiti ihe ndị ahụ ndị biri ebe ahụ n'oge ahụ ji bi ndụ na nke ndị bi ya ugbu a ji ebi ndụ.

**Amụmamụsayensịasụsụ ( Lingwistiks)**

A na-esikwa n'amụmamụ lingwistiks achịkọba akụkọala ndị ọkachasịsite nangalaba lingwistiks na-ahụ maka akụkọala a kpọrọ"Historical Linguistics" n'asụsụ Bekee maọbụ mmere n'asụsụ. A na-esi na ya amata ka asụsụọhụrụ si esi na nke tara nchara etopụta. Amụmamụ ana-egosi na asụsụụfọdụ dịka asụsụ Igbo,Ịgala, Edo, Yoruba, Idoma, bụụmụnne sitere n'otu nnukwu mgbọrọgwụ wee gbasaa. A maara ha dịka asụsụ ndị Proto-Kwa. Dịka Ekwealor (1985:11) si kwu,

> O nwere ndị na-akọwa nandị Igbo malitere ndụ ha na njegba Naịja na Benue.Ha na-akọwa na ọ bụ site n'ebe ahụ ka ndị Igbo si bido gbasaba wee rute mpaghara Ọka na Ọlụ. Eleghị anya, ọ bụ site n'amụmamụ lingwistiks ka ndị wepụtara atụmatụ a gbakwasara ụkwụ n'ihi na lingwistiks na-akọwa na ndị niile nwe asụsụ akpọkọtara 'Proto-kwa' malitere ndụ ha n'otu ebe nke a na-aghọta na ọ bụ na njegba oshimiri Naịja na Benue. Ọ bụzị site n'ebe ahụ ka ha si gbasaa na mpaghara dị iche iche n'ọdịda anyanwụ Afrịka.

N'ịga n'ihu, ihe nke a na-egosi bụnandịnwe asụsụa malitere ndụ ha dịka otu agbụrụ tupu ha malite kesaba. Ndịọkachamara na lingwistiks na -esi n'ụzọ glotokrọnọlọji achọpụta oge asụsụ niile gbanyere n'otu nnukwu mgbọrọgwụ ji malite kesaba. Nchọpụta site na nkọwa ha nyere na-egosi na

Igbo kewaara n'ihe dịka puku afọ isii gara aga ebe Yoruba kewaara n'ihe dịka puku afọ anọ gara aga. Ka o sila dị, e mechakwara Edo sikwa na Yoroba kewara.

Site na nkọwa e mere, a ghọtara na ndị akịọlọji na lingwistiks na-egosi na o teela ndị Igbo ji biri ebe ha bi taa, ha na-agbakwa ama na-emegide ọtụtụ mmadụ ndị na-eche na ndị Igbo sitere n'agbụrụ Ijipụtụ maọbụ Juu. N'agbanyeghị nchọpụta ndị a, Ekwealor (1985) kwuru naihe gbara ghari bụ ihe o ji bụrụ na njegba oshimiri Naịja ka ndị nwe asụsụ a si malite ndụ ha. N'ezie,ọnọdụ dị etu a gbagwojuru anya, ọ bụ ya mere o ji sie ike isite naanị n'amụmamụ lingwistiks wee chịkọọ akụkọala Igbo.

**Ihe edere ede**

E nwekwara ike isi n'ihe e dere ede, dịka ihe ndịọcha dere na ihe ụmụ amaala Igbo ụfọdụ dere wee chịkọọ akụkọala Igbo. Ihe ndị Bekee dere n'oge ochie kan'ụbara n'ihina mbụ, ha sitere n'ihe ha nụtara na ihe ha mụtara n'aka ndị mmadụ wee dee ihe gbasara akụkọala Igbo. Ọtụtụ ihe ha dere oge ahụ abụchaghị eziokwu.Ọ bụzị oge ha nandị Igbo bidoro nwebe mmekọrịta ka ha malitere debe ihe ha mụtara maka agbụrụ ndị Igbo. Oge ndị Bekee ji nwee ohere ịbata ala Igbo bụ oge John Lander na Richard Lander mechara nchọpụta na oshimiri Naịja n'afọ 1830. Ijeoma (2012:39) kwukwara nandị Bekee mbụ bịara ala Igbo enweghị ike ịbata n'ime ala Igbo ruo n'afọ 1830, mgbe John na Richard Lander si mgbada Naịja rute Naịja Delta n'afọ 1830. Ha si Badagry rue Naịja na Bussa, a nwụchiri ha n'Asaba, oge a gbapụtara ha, a hafere ha n'aka kaptịn onye Bekee. Mgbe oge a gasịrị ka a malitere ide ihe maka ndụ ndị Igbo. NdịBekee ọzọ so malite ide ihe maka ndụ ndị Igbo n'uju bụ B.W.Baikie na A.L. Major. Ha mere nke a oge ha wubesịrị usoro ọchịchị "Indirect Rule." Ha si n'usoro ọchịchị a wee hakobe ndị eze a kpọrọ "Warrant Chief." Usoro ọchịchị a darulu ala n'ala Igbo n'ihi nsogbu o wetere, ọ bụkwaazị mgbe ahụ ka ndịBekee ji mata na o nwebeghị ihe ọbụla ha mụtara maka usoro obibi ndụ ndị Igbo. Ka nke a mesiri, ha nyeziri iwu ka e mee nchọpụta dị egwu gbasara ndụ ndị Igbo ma detue ihe niile a chọpụtara n'akwụkwọ. Na nkọwa Ekwealor (1989:18-19),

> Ọnwụ gburu usoro ọchịchị "indirect rule" n'ala Igbo bụọgbaaghara ụmụnwaanyị nke malitere n'Aba.Ihe butere nke a bụ mkpebi gọvmentị mere na a ga na-atụzịụtụ isi n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa.Ha kpebiri nke a na 1926,were mee ka ọ malite dịba ire na 1927 n'agbanyghị na ndị mmadụ

anabataghị ya. Ọbụzi mgbe Nwa Diisi na-achị mpaghara Bende nyere iwu ka e mee ọgụgụọnụ n'ebe ahụ ka e tisuru ọgbaaghara. Nsogbu malitere kpọmkwem oge a chọrọịgụụmụnwaanyịọnụ n'ihi na ha chere na a na-akwadebe maka ịkwanye ha n'ụtụ isi. Ụmụnwaanyị ji ohere a gosipụta iwe ha gbasara usoro ọchịchịọhụrụa ndị Bekee wubere n'ala Igbo. Ọ bụ mgbe ọgbaaghara malitere ka ndị Bekee ji mata naọ dịghị ihe ọ bụla ha ghọtara gbasara ndụ ndị Igbo na usoro ọchịchị ha. Nke a mere ka ha wepụta oge iji mụọ maka ndị Igbo. Ha mere nke a site n'ịmụ ihe gbasara obodo dị iche iche, ha mechara kpokọta ihe ndị a niile dịka "Intelligence Report" nke na-enyere ndị na-ede ihe gbasara akụkọala Igbo aka ruo taa.

E nwere ike inweta "Intelligence Report" n'ụlọ ihe ọkpụ dị na steeti Enugwu. Ọ bụkwaazị site n'ihe ndị a ka ụfọdụ si enweta ihe ha ji achịkọba akụkọala Igbo. Nke bụ eziokwu bụna,ọ bụghị ihe niile ndịBekee dere ka a ga agbakwasa ụkwụ wee chịkọọ akụkọala Igbo. Ihe butere nke a bụ n'ihi asị ha kpọrọ ndị Igbo oge ahụ. N'ihi ya, ha hiri aka n'anya dehie ụfọdụ ihe, ma ka o sila dị, ha dehiere ụfọdụ site n'amaghị ama.Ọ bụ nke a mere na ịgbakwasa ụkwụ naanị n'ihe ndị Bekee dere agaghịezucha oke, o nwekwuru ike iduhie mmadụụzọ.

Ihe ndị Igbo n'onwe ha dere sokwa n'otu ụzọ e nwere ike isi chịkọọ akụkọala Igbo. Onye Igbo mbụ, bu ụzọ dee ihe gbasara ndị Igbo bụ Olauda Equiano n'afọ 1789, oge o dere akwụkwọọ kpọrọ, *An Interesting Narrative about the life of Olauda Equiano or Gustavus Vassa the Africa*.O depụtara ihe dị iche iche gbasara ndụ ndị Igbo n'ime akwụkwọ ahụ. Ọ kọwakwara nandị Igbo malitere ndụ ha site n'agbụrụ Izreel n'ihi na ọtụtụ omenala ndị Igbo na nke ndị Juu bụotu ihe. Ijeoma (2012:40) kwuru na Olauda Equiano onye bụ ohu na mbụ ma bụrụkwa onye okwuu n'ihe gbasara ala Igbo na senchuri iri na asatọ, sịrị na ndị Igbo metụtara agbụrụ Juu. N'otu aka ahụ, Igbo (2012:3) kwuru nandịọkammụta kwenyere na ịchịkọta akụkọala Igbo malitere n'afọ 1789 site n'aka otu onye Igbo bụbu ohu na Lọndon aha ya bụ Olauda Equiano. A tọọrọ Olauda oge ọ dị afọ iri na abụọrefue n'ohu. Ọ

sịrịna ya bụ onye Essaka nke a na -eche na ọ bụ Nsụka maọbụ Iseke ka ọ pụtara. Dịka Anizoba (2013:12-13) si kọwaa,

> A mụrụ ya n'afọ 1745 n'obodo ọ kpọrọ "Essaka" (Iseke). Ọ kọwara n'Essaka bụ ebe e nwere ala na-emepụta ihe ugbo, nke mere na akaọrụ ndị be ha bụ akọmọrụ. A tọọrọ ma rega ya mba Ngland oge ọ dị afọ iri na abụọ. Nna ya ukwu nwere mmasị n'ebe ọ nọ wee ziga ya ụlọ akwụkwọ. Oge a na-achọịkwụsị ahịa ohu, ọ rụrụọrụ n'ụlọọrụ na-ahụ maka ilekọta ndị a tọhapụrụ n'ohu. N'ụlọọrụ ahụ, o kwupụtara maka mkpagbu onyeisi ya bụ Joseph Irwin na-akpagbu ndị a tọhapụrụ n'ohu.Nke a mere na achụpụrụ ya n'ụlọọrụ ahụ n'afọ 1786. Ọ kọwara na aha ya bụ Olauda Equiano nke ndị nchọcha kwenyere na ọ pụtara "Ọlaụda onye Ikwuanọ". O dere ihe banyere omenala Igbo nakwa mkpụrụ okwu Igbo dị iri asaa na itoolu.

Olauda gbalịrị nke ukwu idepụta ihe e ji achịkọta akụkọala Igbo mana e nwere ikeịsị na ihe niile o dere nwere ike ghara ịbụsị eziokwu. O nwere ike bụrụ na ọ chọrọ isite n'ụzọ dị etu a wee kwalite ebube ndị Igbo n'ala Bekee. Oge Olauda dechara akwụkwọ ya, o were ihe dịka narị afọ tupu ụmụ amaala Igbo ndịọzọ amalite ide ihe maka ndụ ndị Igbo. Ekwealor (1989) n'otu aka ahụ kwuru nandị Igbo n'onwe ha, akọwaala na ndị Igbo si n'agbụrụ Izreel maọbụ Ijipụtụ pụta. O kwuru naihe ndị dị etu a na-agbakwasa ụkwụ wee na-ekwunke a bụ myiri dị n'etiti omenala ndị Igbo na nke ndị Juu. A chọpụtara na omenala Igbo ụfọdụ, ndị hibere ụdị echiche a na- arụjere aka bụ usoro ndị Igbo na ndị Juu si ebi ugwu, otu myiri pụtara ihe bụ na agbụrụ abuọ ndịa na-ebi nwa nwoke ugwu na mkpụrụụbọchị asatọ e ji muọ nwa. Ebe ndịọzọ e nwere myiri bụ n'usoro e si aba nwa ọhụrụ aha, usoro ndokọ ahịrịokwu na myiri n'ụfọdụ mkpụrụokwu,ekpemekpe nangwa nchụaja dị iche iche, tinyere etu e si ele nwaanyị mụrụ nwa ọhụrụọmụgwọ. Ọzọ, a hụtakwara ndị Igbo dịka ndị maara ihe nke ukwu ma na-agbakwa mbọ, e leghịanya ha si n'agbụrụ Juu n'ihi na ndị Juu bụ ndị e ji ịgba mbọ mara.Ụfọdụụmụ amaala Igbo gbakwara nnukwu mbọ idepụta ihe maka ndụ ndị Igbo bụ K.O. Dike na A.F.Afigbo, ndịbụcha ọkachamara n'akụkọala. E nwekwara ọtụtụụmụ

amaala Igbo akpọghị aha na nchọcha a, ndị so bụrụọkaibe n'ebe akụkọala Igbo dị.

**Ụzọ a ga-esi chọta nhibereisi akụkọala ndị Igbo**

Ụfọdụ obodo n'ala Naịjiria nwere usoro ọchịchị ndị eze n'usoro akụkọala ha chịkọro ọtụtụ senchuri, nke mere ka ndị amụmamụ n'akụkọala nwee mmasị n'ịmụ ihe gbasara ụzọndụ ha. Ha kwenyere na usoro dị etu ahụ ga-enyere ha aka mee ka ọrụ ha dị mfe karịa agbụrụ dịka Igbo, ndị nwegasịrị mpe mpe akụkọ dị iche iche gbasara akụkọala ha. N'agbanyeghị nke a, Osuji (1984:2) kwuru naọtụtụ ndị mmadụ agbaala mbọ n'ụzọ dị iche iche ịchọpụta ebe ndị Igbo si malite. Ụfọdụmbọ ndịa mịtakwara ezi mkpụrụ. Ha niile na -arụtụ aka nandị Igbo malitere ndụ ha n'agbụrụ Hibru. Ọtụtụ ndịọkammụta nnọrọonwe ndị Bekee so na ndị mbụ nyere ntuzi a. Ihe ha gbadoro ụkwụ bụ nnukwu myiri dị n'etiti njirimara ndị Igbo na ndịJuu. N'agbanyeghị nke a, o doro anya na ndị Igbo niile adịbeghị mgbe ha ji kwekọrịta n'ịgbaso usoro a wee chịkọọ akụkọala ha. Ebe e nwere ọtụtụ akụkọ maka ndụ ndị Igbo na akụkọala ha, ọ dị mkpa ịchọpụta usoro a ga a gbaso wee lebagharịa anya n'akụkọ niile ahụ, site n'ụzọ dị etu ahụ chọpụta etu ndị Igbo si malite. Onwuejeogwu (2007:40-41) wepụtara usoro isii enwere ike isihazi akụkọala ndị. Usoro ndị a bụ:

- Iwetu anya ala, kpọọ omimi mụọ maka omenala mpaghara ahụ
- Ịmụ usoro, ka ihe siga mee n'oge ochie etebeghị nnukwu aka ma chọpụta ihe ndị jikọrọ ya na ihe na-eme ugbu a
- Ịchịkọta ihe niile mere n'oge ochie,tinyere ihe ịgba ama niile, chọpụta ihe jikọrọ ya na ihe mere n'oge ochie etebeghị ezigbo aka, na ihe jikọrọ ya na ihe na-eme ugbu a
- Ịtapịa ihe mere oge etebeghị nnkwu aka iji chọpụta njikọ ya na ihe na-eme ugbu a, na ịtapịa ihe mere n'oge ochie ịchọta njikọ ya na ihe mere n'oge etebeghị nnukwu aka
- Ịhụzu ihe niile ka ọ dị n'uju, mara maọbụ ihe mere n'oge ochie ka na-eme na-agawanye,ka o nwere ebe e nwegasịrị mgbubiri n'ihe ndị merenụ dịka ihe ndị na-agba ama si gosi
- A ga-ahafe ihe ndị ahụ a tapịara iji nye ohere maka nnyocha n'ọdịnihu maọbụịtapịagharị ya siten'ihe ọgbụgba ama nwere ike ịpụta n'ọdịniihu.

Usoro a bụ nke dị ezigbo mma. E nwere ikeịgbaso ya wee lebagharịa anya n'akụkọala Igbo ma hazikwaa ya n'ụzọọtụtụ mmadụ ga -anabata. E nwere ike ime nke a site n'ileba anya n'ihe ndị ahụ egwupụtara n'ala n'oge ochie, tụlee akụkọọdịnaala niile a kọrọ,tụlee ihe ndị lingwistiks kwuru, tinyere ihe

ndị Bekee dere na ihe ndị Igbo n'onwe ha dere, chọpụta ihe njikọ dị n'etiti ha na ihe ndị mekwara mgbe etebeghị nnukwu aka ma tụlekọrịta ya na ihe na-eme ugbu a. Site n'ụzọ dị etu a, a ga-enwe ike chịkọta akụkọala Igbo. Ihe nke a pụtara bụ na, a ga-eleba anya n'ihe ndị mere oge gara aga, na ndị etebeghi nnukwu aka ha ji mee, lebakwa anya n'ihe na-eme n'ala Igbo ugbu a.Mgbe nke a gasịrị, a ga-enyekwa ohere maka ụtụ uche na nnyocha, ka ihe aga-achọpụta ghara ịbụ ejechaa ọgwụ, wee ganye na a chọpụta ebe akụkọala ndị Igbo hibere isi.

## Mmechi

Ọ naghị abụ e kuo nna, onye ọzọa mụrụ. Ihibe akụkọala Igbo isi ebe ọ dịghị ga-eme ka ndị Igbo ghara ịgbanyesị mgbọrọgwụike na ntọala ha. Ebe ọ bụ na enwere ike isite n'akụkọọdịnaala, nnyocha banyere ihe ọkpụ, amụmamụlingwistiks, tinyere ihe ndịBekee na ụmụ amaala Igbo dere wee chịkọba akụkọala Igbo; ọ dị mkpa na a chịkọtara usoro niile a, nyochakwa ha. A ga-eme nke a site n'ileba anya n'ihe mere n'oge ochie,tinyere ihe mere oge ochie etesịbeghị nnukwu aka, wee mara ka ihe mere oge ahụsi metụta ihe na-eme ugbu a. Nke a ga-eme ka e nwee otu usoro doro anya, akụkọala Igbo hibere isi. Ọ ga-eme ka ndị na-etolite etolite jidesie ya ike, tụnye ụtụ nke ha. A chịkọọ haọnụ,agbụrụ na-abịa n'ọdịniihu e nwee ihe nlere anya.

## Edensibịa

Agbodike, C. C. (2008). “The Place of Igbo-Ukwu in the Socio-Cultural and Economic History of the Igbo”. N'Onwuka,N. and Iwuagwu, O. (ọhz.).*Topics in Igbo Economic History*.Lagos:First Academy Publishers.

Anizoba,O. M. (2013). “Nke M Akọla M: Ndị Igbo na Asụsụ ha.”The 8th Chief Dr. F. C. Ogbalu Memorial Lecture. Onitsha: Varsity Press.

Anozie, F. N. (2012). “Archaeology of Igboland: The Early Prehistory. N'Ofomata,G. E. K. (ọhz.). *A Survey of the Igbo Nation*. Onitsha: Africana First Publishers.

Dike, K. O. (1956).*Trade and Politics in the Niger Delta*. Onitsha: University Press

Ekwealor, C. C. (1989). *Omenala na Ewumewu ndị Igbo*. Onitsha: Palma Publishers.

Igbo,P. C. (2012). *Elements of Igbo Culture and Tradition.* Onitsha: Elite Publishers.

Ijeoma,J. O. " Igboland: A Historical Perspective". N' Ofomata, G. E. K. (ọhz.). *A Survey of the Igbo Nation*. Onitsha: Africana First Publishers.

Isidienu,I. C. (2016)."Nzipụta Ndụ ndị Igbo site n'AbụỌdịnala Ha." N'Okodo, I. (ọhz.). *Odezuruigbo: An International Journal of Igbo, African and Asian Studies.* Awka: Apple Press.

Kanu,I. A. (2015).*African Philosophy: An Ontologico-Existential Hermeneutic Approach to Classical and Contemporary Issues*. Jos: Augustinian Publishers.

Madubuko, L. (1994). "Igbo world-Veiw".*Bigard Theological Studies.*

Ogbalu, F. C. (2006). *Igbo Institutions and Customs.* Onitsha: University Press.

Ogbalu, U. J. (2011). "Appriciation of Igbo Folktales and songs Versus Realism.N'Agu. (ọhz.). Ujah. *Unizik Journal of Arts and Humanities.* Awka: Fab Anieh.

Ogu, J. N. (1992). *Creativity in Childrens Literature in Africa*. Ibadan: Heinemann.

Onwuejeogwu, M. N. (2007). *The Social Anthropology of Africa: An Introduction.* Ibadan: Heinemann.

Orji, M. N. (1999). *The History and Culture of the Igbo People before the Advent of theWhite Man.* Nkpor: Jet Publishers.

Osuji, C. (1984). "Are Igbos Herbrew?" Sunday Statesman, April 22,1984.

Shaw, T. (1967). "The Mystery of the Buried Bronzes-Discoveries at Igbo-ukwu,Eastern Nigeria" in Nigeria Magazine, No. 92, March, 1967.

# ỊKỤ AKPARATA: AKWAMOZU NWAANYỊ N'OBODO ỌGWỤ

**Anthonia Chinyere Ephraim-Chukwu**
**Ngalaba Amụmamu Igbo, Afrịka na Eshịa Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka Steeti Anambara, Naịjịrịa**
**07030876604**
**toniaephraim1@gmail.com**

## Ụmịedemede

Ndị ọcha wetara ụka n'ala Igbo dakwasịrị n'omenaala Igbo, katọọ ya ma mebikwaa ọtụtụ n'ime ha. Nke a mere na imerime ndị ọgbọna-etolite ugbu a amaghị omenaala obodo ha, otu n'ime omenaala ndị ahụ bụ ịkụ akparata. Mbunuuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma o nwere ajọ ihe a na -eme mgbe a na-akụ akparata n'akwamozu nwaanyị n'Ọgwụ mere ndị ụka ji machie ndị na-aga ụka ịgba egwu akparata. Ebe ọtụtụ n'ime omenaala Igbo nọzị n'ọnụ ọnwụ, ọ dị mkpa ka edepụta ha n'akwụkwọ ka ọgbọ na-abịa n'ihu nwee ike gụọ ma matakwa omenaala ha. E mere nchọcha a bụ ịkụ akparata akwamozu nwaanyị n'obodo Ọgwụ iji hụ na otu n'ime omenaala a na-eme n'Ọgwụ dị na Steeti Enugwu efughị efu. Nke a ga-eme ka ndị gụrụ akwụkwọ a mata na omenaala Igbo dị mma. Usoro agbasoro mee nchọcha a bụ usoro sọvee. Nwanchọcha gbara ndị mmadụ ajụjụ ọnụ site n'ogbe iri dị n'Ọgwụ. Ọ gakwara ebe a na-eme mmemme akwamozu nwaanyị lelee ka esi agba egwu akparata nakwa mmemme niile a na-eme tupu a kụọrọ ndị na-akwa nne ha akparata. Site n'ihe ndị agbara ajụjụ ọnụ zara, a chọpụtara na o nweghị ajọ ihe ọbụla a na -eme n'ịkụ akparata. Ọ bụ mmaja ka a na-amaja ndị akwaghị nne ha ka ha wee gbaa mbọ kwaa nne ha maka na nkwenye ndị Igbo, ozu akwaghị akwa na-akwụgharị na amanri mmụọ na mmadụ na-achọ onye ọ ga-ememila.

## Ndubata

Akwamozu bụ otu n'ime ọtụtụ mmemmeọdịnaala a na-emere onye nwụrụanwụn'ala Igbo. Ọ bụ mmemmengabiga a na-emere onye Igbo ọbụla

tozuruetozu ma ọ nwụọ iji mee ka o nweeikesorondịichie ibe ya keta oke n'ala mmụọ. Ọ bụ emume ejiakwanyere onye nwụrụ ọnwụ dị mma ugwu niihina ndị Igbokwenyerena onye a kwaghị akwa anaghị abanye n'ụlọ ebe ndị ọzọ nọ maọbụsoro ha keta oke. Onye akwaghi akwa na nkwenye ndị Igbo na -akwụn'ezi, ọ naghịaba n'ụlọn'ala mmụọ. Ọ bụ nkwenye a mere Achebe (1964) jiri kọwaa ka OgbuefiAmalụ siri jụwapụisi oge ụmụ ya garan'arụsị ka ha jụọ ya ma ọ ga-ekwe ka ha hapụkwommemmeakwamozu ya bụ nwamaadị ebe ọbụnandịỤmụọhịaeribeghị ji ọhụrụ.

Na nkewnye ndị Igbo, ozuakwaghị akwa na-akwụgharịn'amanri mmụọ na mmadụ na-achọ ụmụ mmadụ ha ga-ememila. Ọ bụ ozu ndị ahụ akwaghị akwa bụmmụọ mfeghari e nwere n'ụdị mmụọ dị iche iche dị na nkwenye ndị Igbo.Ọ bụ ya mere na mmadụ nwụọ, a na-agba mbọ hụna a kwara onye ahụ akwa ka o were nwee ike ruo ebe ndị ọzọ nọ ma zukwa ike n'udo n'ala mmụọ. N'ọtụtụ obodo n'ala Igbo, a na-akwa ndị ntoroọbịa ma ha nwụọ mana abịa n'okpuru ọchịchị Ọgwụ, obodo dị ka, Ihe, Ogwugwu, Amaorie, Oweli Kọọtụ, Agbọogwugwu na Ituku anaghị emere ndị ntoroọbịa mmemme akwamozu ma ha nwụọ. N' obodo Ọgwụ, a naghịemere onye amụghị nwa mmemme akwamozu, ihe kpatara nke a bụ na ha kwenyere na onye ọbụla a mụrụ kwesiri ịmụta onye ọzọ tupu ọ nwụọ.
Ọ bụ niihi nke a ka ndị Ọgwụ ji asị na onye amụtaghị nwa enweghị ihe o mere n'ụwa maka ọ mụtaghị onye ga-eme akwamozu ya.

N'Ọgwụ, ọ bụ ụmụ maọbụ nwa mmadụ mụrụ na-eme mmemme akwamozu onye ahụ ka o zuo oke site n'ịgba egwu abụọ eji akwa mmadụ n'Ọgwụ. Egwu ndị a bụ ịkpa na opieke/akparata. Nwoke mụrụ nwa nwụọ n'Ọgwụ, a na-akụrụ ụmụ ya ndị nwoke ịkpa ka ha gbaa. Ọ bụrụ na nwaanyị anwụọ, a na-akụrụ ụmụ ya niile opieke ka ha gbaa. Ọ bụ mgbe a akụụrụ ụmụ onye lara mmụọ ịkpa maọbụ opieke ha gbaa, ka ndị Ọgwụ kwenyere na akwaala onye ahụ akwa. Niihi nke a, ọ bụ naanị ndị tozuru etozu ka a na-emere mmemme akwamozu. Ndịtozuru etozu n'Ọgwụ bụ nwoke na nwaanyị lụrụ maọbụ alụghị di na nwunye mana onye ahụ mụtara nwa a ga-akụrụ otu n'ime egwu abụọ ndị a: ịkpa maọbụ opieke/akparata.

### Ịkọwa ihe bụakparata n'Ọgwụ

Maazị Nwabụmma bụ onye a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na akparata bụ ibe osisi ogirisi maọbụ mbam anọ a tụrụ atụ nke e ji akụ egwu akparata n'akwamozu nwaanyị n'Ọgwụ. Akparata abụghị ihe onye ọbụla na-atụ maọbụ emepụta dị ka esi atụ odo maọbụ isi mmanwụ n'obodo Ọgwụ. Nwaamadi a kọwara na o nwere otuogbe ọ bụnaanị ha na-atụ akparata, ogbe ahụ bụ Umuhu. Ọ kọwakwara na n'ime ogbe iri dị n'Ọgwụ, na ụmụnna ọbụla nwere akparata nke hanke ha zụtara n'aka ndị ọ bụ ọrụ ha ịtụ

akparata n'Umuhu. Ọ bụ ya mere na a na -akwa ozu nwaanyị, ụmụnna nwaanyị a na-akwa ga-achịrị akparata nke ha gawa akwamozu ada ha nwaanyị lara mmụọ maka ịkụrụ ụmụdiala ha egwu. Ọ sịrị na ọ bụrụ na akụghị akparata ahụ, ihe ọ pụtara bụ na akwaghịnwaanyị ahụ akwa n'Ọgwụ. Ọ bụ niihi nke a ka o ji dị mkpa na ụmụdiala na ndị ikwunne ha ga-adị na mma. Ọ bụrụna nwadiala na ndị ikwunne ya na-ese okwu tupu nne ya anwụọ, ọ ga-esiri ya ike na mmemme akwamozu nne yaniihi na ndị ikwunne ya ga-achọ ka ha napụta ya nnukwu ego ma o jiego maọbụ na o jighị ego.

N'ichekwaba akparata na nlekọta ya anya, Maazị Nwabụmma kọwara na ọ bụ nwoke kachasị bụrụ okenye na ụmụnna ọbụla na -achịdo akparata ụmụnna ha. Ọ bụrụ na akparata ụmụnna ọbụla efuo, ha ga-aga n'Umuhu ga zuchie ya maọbụ ha ewere ego gaa nata ụmụnna ọzọ akparata nke ha ma ọ bụrụ na ha chọrọ ịga akwamozu mgbe ha azụchibeghị akparata ha furu efu. O kwuru na ego ụmụnna akparata ha furu efu ga-akwụ wee nata ụmụnna ọzọ akparata ha bụ ego ọrụ a na-akwụ dimkpa nwoke n'ọrụ ụbọchị n'Ọgwụ.Nwaamadị a gara n'ihu kwuo hoohaa na agaghị asị na akwara nwaanyị ọbụla n'Ọgwụ ma ọ bụrụ na ndị ikwunne ụmụdiala na-akwa ozu nne ha abịaghị n'ụbọchị ha kwara nne ha wee kụọrọ ha akparata ka ha gbaa. Ọ bụ ụbọchị Afọ na Eke ka eji akụ akparata n'akwamozu nwaanyị. Nke a bụ niihi na ahịa abụọ e nwere n'Ọgwụ bụ Orie na Nkwọ. Ọ bụ n'ụbọchị ahịa abụọ ndị a ka a ga-azụta ihe ndị aga-eji me mmemme akwamozu.

Maazị Nwabụmma kọwakwara na a ga-akụrịrị akparata n'ụbọchị akwamozu tupu anyanwụ adaa. Ọ bụrụ na akụghị akparata site n'esemokwu anyanwụ wee daa, a ga -ebidokwa akwamozu ahụ n'isi oge ọzọ wee ruo mgbe a ga-akụ akparata tupu anyanwụ adaa. Nke a bụ niihi na ndị Ọgwụ kwenyere na ọ bụ n'anyanwụ ka akparata si adọrọ ike o ji edula nwaanyị a na-eme akwamozu ya n'ala mmụọ. Anyanwụ na-enyekwa ndị otu nwaanyị lara mmụọ ihe n'ụzọ mgbe ha duru yana-alaghachi n'ala mmụọ.Nke a mere o ji dị mkpa na a ga-edozi esemokwu ọbụla dapụtara n'etiti ndị ikwunne na ụmụdịala ha, mee ngwangwa ma hụkwa na ihe niile e ji eme mmemme ịkụ akparata zuru oke tupu e bido mewe ya. Maazị Nwabụmma kọwara na ọ bụ ihe ndị a mere ndị Ọgwụ ji ekwu na ọ kara dị mfe ịkwa nwoke atọ n'otu oge karịa ịkwa otu nwaanyị.

**Nnyocha ihe e derela banyere akwamozu n'ala Igbo**

Ọtụtụ ndị odee, ndị ọkammụta na ndị ọkankuzi n'omenala Igbo ekwupụtala nkọwa echiche ha n'ihe gbasara ọnwụ na akwamozu. N'uche nke ya, Basden (1921) sị na onye Igbo ga-agba mbọ ịkwadebe akwamozu ya n'ọdịniihu mgbe ọ nọ ndụ, ọ na-eme nke a site n'ịhụ na ọ hapụrụ ihe a

ga-eji kwaa ya mgbe ọ nwụrụ. Nke a bụ niihi na ndị Igbo kwenyere na akwamozu onye nwụrụ anwụ dị mkpa maka nnabata onye ahụ n'ala mmụọ.N'ịkwado ihe Basden kwuru,Parrinder (1962) dere na mkpụrụobi onye nwụrụ anwụ na-awagharịn'ụwa na be mmụọ tupu a kwaa ya. Ọkọwakwara akwamozu dị ka mmemme ikpeazụe ji edula onye nwụrụ anwụ n'ala mmụọ kaọ gaa zuo ike, nke na-egosikwa mkpa ọ dị imere onye ọbụla tozuru etozu ma ọ nwụọ akwamozu ka mkpụrụobi ya wee zuo ike. Niihi nke a ka ndị Ọgwụ ji akụ egwu akparata mmemme akwamozu nwaanyị ọbụla tozuru etozu ka mkpụrụobi onye ahụ nwee ike zuru ike n'udo n'ala mmụọ.

Achebe,(1964:217) kọwara ka Ogbuefi Amalụ siri jụwapụ isi oge ụmụ ya gara n'arụsị ịmata ma ọ ga-ekwe hapụ ha ka ghara ịkwa ya n'ọnwa ọ gwara ha kwaa ya oge ji na-akọ n'Ụmụarọ. Amalụ gwara ụmụ ya na ya akwụọla ọtọ ọtụtụ oge n'ezi ebe mmiri na anwụ na-ama ya, ọ chọghị ịnọkwa ebe ahụ gafee oge a kara na aga-emere ya mmemme akwamozu ya. Ihe nke a gosiri bụ na onye akwghị akwa anaghị aba n'ụlọ n'ala mmụọ na nkwenye ndị Igbo, kama ọ na-akwụ n'ezi ebe mmiri na anwụ ga na-ama ya oge niile ganye na e meere ya mmemme akwamozu niile obodo ha nabatara. Ọ bụ nkwenye a mere ndị Ọgwụnakwa ndị Igbo niile ji akwa onye ọbụla tozuru etozu ka o nwee ike ịbanye n'ụlọ n'ala mmụọ ebe ọ ga-ezu ike.

Ubesie (2004:220) sị na onye Igbo na ibe ya na-akọ ọnụ, a sị ya na ọ kwaghị nna ya akwa, o nweghi ịkọ ọnụ ka ya makana ya bụ okwu dị omimi. Niihi nke a,mmadụ nwere ike ịjụ ihe dị iche n'etiti ozu akwara akwa na nke a kwaghị akwa ebe ọ bụ na onye nwụrụ anwụ anwụchala. N'Ọgwụ nakwa n'ala Igbo niile, ha kwenyere na onye nwụrụ anwụ agaghị enwe ezumike ma ọ bụrụ na akwaghị ya akwa. Onye ahụ ga na-awagharị n'agbata mmụọ na mmadụ nke a kpọrọ "amanri" na-emekpa ndị dị ndụ ahụ.Onye akwaghị akwa enweghị ike iso ndị a kwara akwa keta oke n'ala mmụọ. Ọ bụ n'ezi ka ọ ga-anọ, mmiri na anwụ ana-ama ya wee ruo mgbe e jiri mere ya mmemme akwamozu niile. Mgbe e mechaara ya mmemme a, ka ọ ga-eji nwee ike banye n'ụlọ ebe ọ ga-anọzuo ike ma soro ibe na-eketakwa oke.

Basden (1921:123) gakwara n'ihu kwuo na ihe na-esote ọnwụ bụ akwamozu, nke na-agbado ụkwụ n'ụdị ọnwụ mmadụ nwụrụ. Ihe Basden na-akọwa bụ na ọ bụghị onye ọbụla lara mmụọ ka a na-eme mmemme akwamozu ya. Ọ bụ naanị ndị nwụrụ ezigbo ọnwụ ka a na-akwa mana ndị nwụrụ ajọ ọnwụ maọbụ ọnwụ ihere anaghị akwa ha akwa n'obodo Ọgwụ nakwa na mpaghara ala Igbo ụfọdụ. N'aka nke ọzọ, Achebe, (1958:147) kọwara na a gaghị elizi Okonkwọ nke Ụmụọfịa ka ozu ndị nze. Obierika gwara nwa D. C. si nwoke a bụ otu n'ime ndị nnukwu mmadụ n'Ụmụọfịa,

i meela ka a o gbuo onwe ya, ugbu a, a ga-eli ya ka nkita. Okwu a ka Obierika jiri kọwaa ka esi ewere ma na-emekwa ozu onye kwụrụ ụdọ n'ala Igbo. Onye kwụrụ ụdọ bụndị obodo ọzọ ga-abịa tọtuo ozu ya, bụrụ ya tufuo n'ajọ ọhịa. Anaghị emere onye dị otu a mmemme akwamozu niihi na ọ bụ ajọ ọnwụ ka ọ nwụrụ. Nwaanyị ọbụla kwụrụ ụdọ n'Ọgwụ, anaghị akwanyere ya ugwu a na-akwanyere nwaanyị nwụrụ ezigbo ọnwụ, nke ka nke bụ na agaghị akụakparata n'akwamozu ya.

Mbiti (1975:114) kwuru na anaghị emere onye ohi, ndị ogbu mmadụ na ndị nwụrụ ọnwụ atụghị anya ya mmemme akwamozu. N'akwụkwọ Booth na Newell (1977), ha kọwara na adịghị emere onye nwụrụ ọnwụ ịkwụ ụdọ, ọnwụ iji egbe gbagbu onwe maọbụ ọnwụ ihe mberede akwamozu. Eleghị anya ihe kpatara Booth na Newell jiri kwuo ụdị okwu a bụ na ụdị ọnwụ ndị a bụ ajọ ọnwụ ka ndị dị otu a nwụrụ. Ụdị ajọ ọnwụ ndị ọzọ bụ nke Osuagwụ (1979) kọwara na ọ bụ ihe oke mwute, ihe ibu isi na ihe ọnụma ma onye ntorobịa nwụọ, nke a na-abụ oke ihe ịla n'iyi nye ndị nwe onye ahụ. N'Ọgwụ anaghị eme akwamozu ndị ntorobịa makana a na-ewere na ha bụ ihe ịla n'iyi nye ndị mụrụ ha.Ọgbalụ (1979) n'aka nke ọzọ kọwara na onye nwụrụ ezigbo ọnwụ ka a na-emere akwamozu n'ala Igbo. Ihe Ọgbalụ na Ubesie kwuru dabara na nkwenye ndị Igbo nke Ọgwụ bụ otu obodo dị n'ala Igbo. Ndị Ọgwụ kwenyere na onye nwụọ ọnwụ dị mma, a kwaa ya akwa. Ọ bụ nke a kpatara na ọ bụghị ụmụ nwaanyị niile nwụrụ n'Ọgwụ ka a na -akụ akparata n'akwamozu ha, ọ bụ naanị ndị mụrụ nwa tupu ha anwụọ ka a na-akụrụ akparata.

Iji kwado ihe ndị e kwurula gbasara ndị anaghị emere akwamozu n'ala Igbo,Ubesie (2004:221) kọwara na,

> Ihe e ji akwa onye tozuru etozu ma ọ nwụọ bụ iji gosi na ọ rụghị ala n'obodo, iji gosi na ya na ndị mmụọ anọghị n'okwu, na o toghị afọ, na ọ rịaghị ụdị ọrịa ọbụla obodo na-asọ asọ, ya na ijimee ka mkpụrụobi onye lara mmụọ rue ebe ọ na-aga zue ike ọ gara izu.

Agbasiere, (2000:43) sị na akwamozu na-agbado ụkwụ n'ụzọ ihe abụọ, nke mbụ bụụdịọnwụ mmadụ nwụrụ, nke abụọ bụ ọkwa onye nwụrụ anwụ nọ na ya. Ọ sịrị na akwamozu onye chiri echichi na-adị iche na nke onye echighị echichi. Onye nwụrụ ezi ọnwụ maọbụ onye tozuru etozu wee nwụọ, na akwamozu ya na-adị iche na nke onye nwụrụ ajọ ọnwụ dị ka ito afọ, nwaanyị ịnwụ n'afọ ime, ọnwụ nwata, ọnwụ onye ntorobịa na ndị ajọ ọrịa gburu.Ihe a Agbasiere kwuru dabara na nkwenye ndị Ọgwụ, nke a mere e ji nwee ụmụnwaanyị a na-akụ akparata na ndị anaghị akụ akparata n'akwamozu ha.Nwoke na nwaanyị ọbụla lụrụ nwaanyị maọbụ di nwụọ, a na-emere ya akwamozu zuru oke ma ọ bụrụ na ọ mụtara nwa ga-agbara ya egwu abụọ e ji eme mmemme akwamozu n'Ọgwụ, egwu ndị ahụ bụ:ịkpa na opieke.

O nwere ụdị ozu a naghị akwa akwa, ha bụ ndị ahụ nwụrụ ajọ ọnwụ. Ajọ ọnwụ dị ka Ubesie (2004) si kwuo bụ onye ọbụla nwere ihe obodo na-asọ nsọ o mere kpatara o ji nwụọ. Ubesie sị na mmadụ igbu ọchụ bụ arụ n'ala Igbo mana mmadụ ịkwụ ụdọ bụ ihe amaghị ka aga-esi kwuwe ya. Niihi nke a, mmeso a na-emeso ozu onye kwụrụ ụdọ n'ala Igbo na- abụ ihe ihere n'ebe ụmụnna ya nọ. Onye kwụrụ ụdọ, anaghị akwa ya akwa.Ubesie (2004:22) kọwara na

> Onye ọbụla ṅụrụ iyi ụgha nọrọ n'imeiyi ọ ṅụrụ nwụọ, ọnwụ ọjọọ ka ọ nwurụ. Ọ bụ arụsị obodogburu ya. Niihi nke a, a naghị akọgide akụkọ kọta ma a ga-akwa onye ahụ akwa maọbụ na agaghị akwa ya. Ihe ụmụnna ya ga-ejisi ike na-arịọ chi ha bụ ka mmụọ obodo ghara ịbịa kpochapụ ezinaụlọ onye ahụ mere arụ.

Ihe Ubesie kọwara bụ ihe na-eme n'obodo Ọgwụ, a naghị eli onye arụsị gburu eli, kama a na-ahapụ ozu ya n'ime ebe ọ nọrọ nwụọ, kwara aja ụlọ ya kwachibido ozu ya oge ezemmụọ nke arụsị gburu ya kwakọchara ngwongwo niile o ji biri n'ụlọ. O nweghị akụnaụba maọbụ osisi na-amị ego kwụ n'ezi ahụ ụmụ onye nwụrụ ga-emetụ aka.

Ubesie (2004:33), gakwara n'ihu kọwaa na ọbụladị onye chiri ọzọ, wee buru ọzọ o chiri rụọ ala, megidere iyi ọ ṅụrụ tupu a kaaya asaa naabọ n'ire, o jewe ịnwụ, ọ ga-eji ọnụ ya saa asịsa, koo afọ maọbụ zaa ụkwụ tupu ọ nwụọ. N'omenala Ọgwụ, onye nwụrụ ụdị ọnwụ a bụ ajọ ọnwụ ka ọ nwụrụ, mmadụ na udele agaghị aga zọwa ozu onye ahụ na ajọ ọhịa ebe a ga-etinye ozu ya.

**Ntụcha edemede nchọpụtaga**

N'ebe, a chọpụtara ma tụchaa ihe niile banyere isiokwu e dere nke bụ ịkụ akparata akwamozu nwaanyị n'obodo Ọgwụ. Nke a metụtara mmemme niile a na-eme n'akwamozu tupu a kụọ akparata. Ndị a na-akụ na ndị anaghị akụ akparata n'akwamozu ha n'Ọgwụ nakwa usoro a na-agbaso n'ịkụ akparata.

**Mmemme dị iche iche a na-eme n'akwamozu nwaanyị n'Ọgwụ tupu a kụọakparata**

N'ogbe Umuhu, Maazị Ezeagụ bụ onye agbara ajụjụ ọnụ kọwara na mmemme a na-eme tupu a kụọ akparata dị ọtụtụ, ha gụnyere: ọkụkụ ịwanye n'ọnụ, igbu ewu mbọgoo, ịma akwalị, igbu elulu na emume ite opieke. Site n'azịza ndị a, a chọpụtara na o nwere mmemme ndị a na-eme ma elisịa nwaanyị lara mmụọ ma ọ bụrụ na ụmụ ya ji ego n'oge ọ nwụrụ, ọ bụrụ na ego adịghị, ha na-ahapụ mmemme niile ahụ n'oge akwamozu nwaanyị ahụ. Ka nwaamadị a na ndị ọzọ si kọwaa, mmemme ndị a bụ:

**Ọkụkọ ịwa n'ọnụ**

Omelalị Udeịnya kọwara ọkụkọ ịwanye n'ọnụ dị ka mmemme a na-emere nwaanyị lara mmụọ tozuru etozu ozigbo elisiri ozu ya. Ọ bụrụ na nnekwu ọkụkọ yiri akwa dị, a ga-eweta ọkụkọ ahụ nye ada nwaanyị lara mmụọ ka ọ hịgbuo ma wụsakwa ọbara ọkụkọ ahụ n'elu ili nne ya. Nke a bụ mmemme izizi a ga-emerịrị tupu ebido ime mmemme akwamozu ndị ọzọ. Dị ka nwanchọcha siri chọpụta site n'ọnụ nwa amadi a, ihe mmemme a pụtara bụ na nwaanyị ahụ lara mmụọ ga- ewere ọkụkọ ahụ 'gbaa ụzọ' dị ka ndị Ọgwụ si ekwu ya. Ọ bụ ya ka ọ ga-enye ndị ọ na-alakwuru n'ala mmụọ dị ka ihe ngote o jiri lọta ije ọ gara n'elu ụwa. Ndị ọzọ niile agbara ajụjụ ọnụkwadoro ihe Udeịnya kwuru.

**Ewu mbọgoo/mgbukwasị**

Ichie Udeji bụ onye a gbara ajụjụ ọnụ na ndị ọzọ kọwara na ewu mbọgoo bụ n'oge a na-ebido mmemme akwamozu kpọmkwem ka a na-eme ya. Ọ bụ ndị mụrụ nwaanyị lara mmụọ ga-abịa na be ada ha nwaanyị nọrọ gbuo otu ewu tụgoro ime. Ọ kọwara na ụmụnna nwaanyị ahụ lara mmụọ gbusịa ewu a, ha ewere ya sie ji awaị risaa ya n'abali ahụ ga-efote chi ụbọchị mmemme akwamozu nwaanyị nwụrụ anwụ. Ewu a dị ka Ichie Alibisi si kọwaa bụ 'ewu ọlọdịọvịa'. Ụmụnna nwaanyị a na-eme akwamozu ya na-eji ewu ahụ na ji awaị lee onwe ha ọbịa na-echere chi ofufo ka ha wee meere ụmụdiala ha mmemme akwamozu ma kụkwaara ha akparata. Ụmụ nwaanyị a na-akwa anaghịkwa eso ndị nna ha ochie eri nri ahụ. Ewu mbọgoo dị ka nwanchọcha chọpụtara bụ ihe eji asị nwaanyị lara mmụọ jikerewe maka ịbanye n'ebe ndị e mere akwamozu ha na-anọ n'ala mmụọ. Ihe kpatara na ụmụ ya anaghị eso ndị ikwunne ha eri ji na anụ ewu mbọgoo bụ na ewu ahụ bụ naanị maka ụmụnna nwaanyị lara mmụọ, ebe ụmụ ya sitere n'ụmụnna ọzọ ha agaghị edetụ ya ọnụ. Ihe kpatara nke a bụ na ndị Ọgwụ kwenyere na ụmụnna ọzọ rie ewu mbọgoo abughị nke ada ha nwaanyị, onye ahụ ga-arịa nnukwu ahụ nke a ga-emefu ezigbo ego iji chụọ aja wee kpetuo nwaanyị ahụ e mere mmemme akwamozu ya ka ọ tọhapụ onye ahụ na-agbụ nke ọnwụ o kere ya. Ndị ọzọ niile agbara ajụjụ ọnụ kwenyere n'ihe Ichie Alibisi kọwara.

**Ịma akwalị**

Nwanchọcha chọpụtara na a na-egbu otu nnekwu ọkụkọ n'abali ga-efota ụbọchị a ga-akwa nwaanyị nwụrụ anwụ eji ama akwalị.Ndị okenye nwoke abụọ sitere n'ụmụnna nwaanyị lara mmụọ na-eji akwụkwọ alakọrọmọdụ na ogirisi wee fuchie isi ọkụkọ ahụ e gburu ya na ọsụ wee kee ya eriri kpụrụkpụrụ. Ichie Ụwakwe kọwara na ọ bụrụ na e kechaa akwalị,a

na-ewere ya gaa kedo n'elu ọnụ ụzọ mkpuke nwaanyị lara mmụọ. Nke a na-egosi onye ọbụla bịara ebe ahụ na a kwaala onye nwe mkpuke ahụ akwa na ọ bụghịkwa ofeke n'ala mmụọ. Ihe ndị a e kechiri kedo n'elu ụlọ mkpuke ka a na-akpọ ịmaakwalị n'Ọgwụ.Ndị ọzọ niile nwanchọcha gbara ajụjụ ọnụ kwadoro ihe a Maazị Ụwakwe kọwara, ha niile kwenyere na a na-ebu ụzọ maa akwalị tupu a kụọ akparata.

## Igbu elulu

Nwanchọcha chọpụtara site n'ihe Maazị Nwavoije kọwara na e mechaa ịma akwalị n'abalị ahụ na-esote ụbọchị a ga-akwa nwaanyị lara mmụọ, ihe ga-esochi ya bụ igbu elulu. Igbu elulu bụ igbu ụmụ anụ ole na ole eji eme mmemme akwamozu. Ọ bụrụ na ndị na-akwa nne ha ji ego, ha ga-egote otu ehi maọbụ abụọ ha ga-eji mee mmemme. A na-egbu ya, werekwa ukwu ya na eriri afọ ya bunye ndị ụmụọkpụ ka ha kerie. Nwaamadị a kọwara na ndị na-akwa ozu ga-ewere isi anụha gburu dote n'ụlọ ha, a ga-eji kpọ ha 'Ogbuehi'. Ọ bụrụ na aka esichaghị ha ike, ha ga-egbu ewu asaa. A na- ewepụta anụ a ga-eji siri ndị bịara mmemme akwamozu nri ha ga-eri. Anụ fọdụrụ ka a ga-eji 'gba anụ'.Ịgba anụ bụ inye onye ọbụla weteere ndị na-eme mmemme akwamozu ihe onyinye 'mgbata mkpu' dịka ji, ewu, atụrụ, nsiegbe, mmanya nakwa ego anụ. A na-enye anụ a dị ka ihe onyinye onye ọbụla weteresiri buo ibu.Ndị ọzọ a gbara ajụjụkwadokwara ihe Maazị Nwavoije kọwara banyere igbu elulu.

## Opieke

Opieke bụ egwua na-akụ n'akwamozu nwaanyị ọbụlatozuru etozu n'Ọgwụ.Site n'ihe Ichie Nwaokolo kọwara, nwanchọcha chọpụtara na anaghị akụ akparata ma ọ bụrụ na opieke anọghị n'akwamozu ahụ. Mana ọbụrụ na a kụchaa opieke ma akụghị akparata, opieke niile akụrụ lara n'iyi niihi na ihe e ji ama na akwaala nwaanyị n'Ọgwụ bụ ma a kụọ akparata. Nwa amadị a kọwara na ọ bụ opieke na-enye akparata ugwu. Ndị na-akwa nkwa opieke na-abịa n'ụtụtụ ụbọchị mmemme n'ụlọ onye ahụ lara mmụọ ebe ha ga-anọ ruo mgbe a kụrụ akparata. Nwanchọchachọpụtara site n'ihe a nwa amadị a kwuru na opieke bụ egwu onye ọbụla ga-agba ma nwoke ma nwaanyị, ma onye kwara nne ma onye akwaghị nne ya. Onye ọbụla nwere ike ịgba opieke ma a na-akụ ya mana onye akwaghị nne ya agaghị agba opieke ma a kụwa akparata. Nwa amadi a kwukwara na opieke dị naanị abụọ n'Ọgwụ, opieke Obuọvịa na opieke Amokwe. Ọ bụ nke a mere na ndị opieke nwere ike gaa ebe a na-akwa ozu abụọ maọbụ karịa n'otu ụbọchị. Niihi nke a ka ndị na-akwa ozu ji eme ngwangwa ka a kụọrọ ha akparata n'oge tupu ndị opiekeagawa ebe ọzọ ha chọrọ ịga. Opieke abụghị nkwa ana-akụ na nkịtị. Ọ bụghị egwu e ji eme mmemme ọzọ dị ka iri ji, alụm di na nwunye na ndị ọzọ. Ọ bụ naanị n'akwamozu nwaanyị ka a na-

akụopieke. Onye ọbụla bụ onye Ọgwụ nụrụ ụda opieke, ihe ọ ga -ajụ bụ kedu nwaanyị a na-akwa? Nke a gosiri na anaghị anọkata bupụta opieke kụwa. Maazị Ezeugo, Uwakwa, na Okolonta kwadoro nkọwa a Ichie Nwaokolo nyere. Site n'ihe ndị a agbara ajụjụ ọnụ kọwara, achọpụtara na o nweghiihe ga-eme ka akụọ akparata n'Ọgwụ ma ọ bụrụ na ebughi ụzọ mee mmemme ndị a niile niihi na ọ bụ ha na-edubanye n'ịkụ akparata.

**Ndị a na-akụakparata n'akwamozu ha n'Ọgwụ**

N'Ogboli, nwanchọcha gbara Maazị Nwuko ajụjụ ọnụ n'ihe gbasara ndị a na-akụrụ na ndị anaghị akụrụ akparata n'Ọgwụ. Nwa amadi a zara na ndị a na-akụrụ akparata n'Ọgwụ bụ ụmụ nwaanyị tụrụ ime mụọ nwa, ma nwa ha anọ ndụ maọbụ na ọ nọghị ndụ. A naghị akụrụ ndị amụghị nwa maọbụ nwaanyị nwụrụ ajọ ọnwụ akparata. Ndị ọzọ agbara ajụjụ ọnụ kwenyere n'ihe Maazị Nwuko kwuru. Site n'ihe ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwara, nwanchọcha chọpụtara na ndị a na-akụ akparata n'akwamozu ha bụ nwaanyị ọbụla tụrụ ime, mụọ nwa, ya bụ onye gbaara isi ya dị ka ndị Ọgwụ si ekwu ya. Onye ahụ ga-abụkwa onye aka ya dị ọcha, onye emeghị arụ ọbụla dị ka iwepụ afọ ime, izu ohi, inye mmadụ nsi maọbụ ifopụ ihe mmadụ kọrọ n'ubi oge ọ nọ ndụ. N'ịkwado ihe ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwuru maka akwamozu onye nwụrụ ezigbo ọnwụ, Ọgbalụ (1979) kwuru na ọ bụ onye nwụrụ ezigbo ọnwụ ka a na-emere mmemme akwamozu. Ubesie (2004) kwadoro ihe Ọgbalụ kwuru, o sị na ihe e jiakwa onye tozuru etozu ma ọ nwụọ bụ igosi na ọ rụghị ala n'obodo, igosi na ya na ndị mmụọ anọghị n'okwu, na o toghị afọ, na ọ rịaghị ụdị ọrịa ọbụla obodo na-asọ asọ, ya na ime ka mkpụrụobi onye lara mmụọ rue ebe ọ na-aga wee zue ike ọ gara izu. Ọ bụ ụdị ndị a ka a na-akụ akparata n'akwamozu ha.

Omelali Udeji kọwara na ọ bụ ụmụnwaanyị a lara mmụọ ana-eme mmemme akwamozu ya ga- agba akparata ndị ikwunne ha ga-akụrụ ha, ọ bụghị nwa onye ọzọ ga-abịa gbawa egwu akparatana akwamozu nne onye ọzọ. Ọ bụrụ na nwaanyị a na-akwa mụtaranwa maọbụ ụmụ,ha niile nwụchaa, ụmụnne nwaanyị dị otu a nwere ike gbaara ya egwu akparata maka na ọ gbaara isi onwe ya wee mụọ nwa na ụwa ọ bịara. Ọ bụ ihe a mere ndị Ọgwụ ji etinye isi n'ọhịa na ụzọ ịhụ na di na nwunye mụtara nwa ma ha lụọ, ọ bụrụ na nwa abịaghị, a na-amanye ha ka ha gbasaa, ka onye ọbụla n'ime ha chọrọ onye ọzọ gaa lụọ makana mmemme akwamozu ma nwoke ma nwaanyị n'Ọgwụ bụ ụmụ onye ahụ lara mmụọ ga-emesi ya ma gbakwa egwu a ga-akụrụ ha.

**Ndị a naghị akụ akparata n'akwamozu ha n'Ọgwụ**

A chọpụtara n'ihe Omelalị Udeji kọwara na o nwere ụmụ nwaanyị ndị anaghị akụ akparata n' akwamozu ha, ha bụ ụmụ nwaanyị amụtaghị

nwa chaa chaa tupu ha a nwụọ, ndị mere arụ dị ka ndị kwụrụ ụdọ,onye hopụrụ ihe onye ọzọ kụrụ n'ụbi, onye kworo nkwụ diochi chiwere na nkwụ ya, onye gburu mmadụ, nwaanyị nwụrụ n'afọ ime, nakwa nwaanyị rịara ụdị ọrịa dị ka, ito afọ, ịza ụkwụ, ọrịa ekpenta, ịda ibi, ara na onye mkpukpu pụrụn'azụ. Iji kwado ihe ndị a agbara ajụjụ ọnụ kọwara maka ndị anaghị akwa akwa site n'ajọ ọnwụ ha nwụrụ nakwa oge ha jiri nwụọ, Achebe (1958:143) kọwara na agaghị elizi Okonkwọ nke Ụmụọfịa ka onyenze niihina ọ kwụrụ ụdọ. Ọ kọwakwara na agaghị akwa ya akwa. N'ịkwado ihe Achebe kwuru, Mbiti (1975:114),si na agaghị emere onye ohi, ndị ogbu mmadụ na ndị nwụrụ ọnwụ atụghị anya mmemme akwamozu.Ọnwụ atụghị anya n'uche nwanchọcha bụ onye nwụrụ n'ihe mberede dị ka mmiri iri mmadụ, ụgbọala igbu mmadụ, maọbụ ọnwụ onye ntorobịa na ụmụaka.

Ubesie (2004:20) kwadoro ihe Achebe na Mbiti kwuru gbasara ndị anaghị emere mmemme akwamozu, ọ sị na onye ọbụla nwere ihe obodo na-asọ nsọ o mere dị ka igbu ọchụ, ịkwụ ụdọ na ite ime bụnnukwu ihe arụn'ala Igbo. Niihi nke a, mmeso a na-emeso ozu onye nwụrụụdị ọnwụndị a n'ala Igbo na-abụ ihe ihere n'ebe ụmụnna ya nọ, onye kwụrụ ụdọ anaghị akwa ya akwa. Maazị Chukwuoji kọwakwara na anaghị akwa ndị ntorobịa akwa n'Ọgwụ. Maka na nkwenye ndị Ọgwụ, mmadụ kwesịrị ịnwụ ma o mee okenye, ntorobịa maọbụ nwata nwụọ, ha na-asị na onye ahụ bụ ọgbanje. Nkwenye a dababara n'ihe Achebe (1958:73) kọwara, na dibịa afa gwara ha na agaghị akwa Ọnwụbiko akwa niihi na ọ bụọgbanje. Nke a gosiri na ụmụakana ndị ntorobịa bụ ndị anaghị emere mmemme akwamozu. N'Ọgwụ, anaghị ebe akwa ma nwata nwụọ niihi na o nwere nne abụọ, ya bụ na nwa ahụ bụ ọgbanje.

Site n'ihe ndị agbara ajụjụ ọnụ kọwara na sitekwa n'ihe ndị ederela gbasara ụdị ọnwụ dị iche iche, a chọpụtara na ihe e ji akwa mmadụ ọkachasi nwaanyị dị ụzọ ihe abụọ, nke mbụ bụ ụdị ọnwụ onye ahụ nwụrụ nakwa oge onye ahụ nwụọ. N'Ọgwụ, nwaanyị a na-akụ akparata n'ọnwụ ya bụ nwaanyị mụrụ nwa ma nwụọ ezigbo ọnwụ

**Ndị na-akụakparata**

Maazị Ụwakwe bụ onye agbara ajụjụ ọnụ gbasara ndị na-akụ akparata na mmemme akwamozu nwaanyị n'Ọgwụ kwuru na ọ bụ ndị ikwunne ndị na-akwa nne ha na-akụrụ ụmụdiala ha akparata ka ha gbaara nne ha lara mmụọ. Ndị ọzọ agbara ajụjụ ọnụ kwadokwara ihe a Maazị Ụwakwe kwuru. Site n'azịza ndị a, a chọpụtara na ndị na-akụrụ ụmụ nwaanyị lara mmụọ a na-eme mmemme akwamozu ya akparata bụ ndị ikwunne ha. Maazị Ụwakwe kọwara na ọ bụrụ na nwaanyị ahụ lara mmụọ nwere nwanne nwoke, ọ bụ ya na otu nwoke ọzọ n'ụmụnna ha ga-akụ akparata, ma ọ bụrụ na nwaanyị lara mmụọ enweghị nwanne nwoke,

mmadụ abụọ n'ụmụnna ha ga-akụ ya.Ọ sịrị na emesịa mmemme niile a na-eme tupu a kụọ akparata, a na-ajụ ndị ikwunne ma emetakwara ha nke ọma site n'inye ha oke niile ruuru ha n'akwamozu ada ha nwaanyị.

Ichie Ọnwụkwe kọwara na ọ bụrụ na ikwunne kwetara na ha anatachala oke ha niile nke gụnyere otu ehi maọbụ ewu abụọ, abọ ji anọ, nnekwu ọkụkọ abụọ, nakwa ego dị ka aka si dị ụmụ nwaanyị lara mmụọ. Ndị ikwunne ga-ekele ụmụdiala ha ekele gọọrọ ha ọfọ ogologo ndụ, ahụ isi ike na akụ na ụba. O bụ oge ha gọsịrị ọfọ a, ka ha ga-achịrị akparata ha ji bịa akwamozu ada ha kụọrọ ụmụdiala ha egwu akparata ka ha gba wee sị nne ha gaa ije ya nke ọma. Ọ bụ mgbe ndị ikwunne kụọrọ ụmụdiala akparata, ụmụdialaa gbaa na akwamozu nwaanyị ọbụla na-egosi na akwaala onye ahụ. Site n'ihe nwamaadi a bụ Ọnwụkwe kọwara, nwanchọcha chọpụtara na ọ bụrụ na ndị ikwunne ajụ ịkụrụ ụmụdiala ha akparata, dị ka na ebe enwere esemokwu sitere na ụmụdiala enyezughị ndị ikwunne oke ruru ha, maọbụ na ndị ikwunne chọrọ ịta ụmụdiala ha ahụhụ niihi na ha eletaghị nne ha anya nke ọma mgbe ọ nọ n'ọrịa, ndị ikwunne agaghị ekwe kụọ akparata. Mgbe nke a mere, nwadiala ọzọ nwere ike si n'azụ nara ego nye okenye chi akparata ha ji bịa akwamozu nara ya akparata gaa kụọrọ ndị na-akwa nne ha. Ụdị ihe a na-ebute nnukwu esemokwu n'etiti nwadiala mere ihe dị otu a na ndị ikwunne ya. Niihi nke a, ọ bụrụ na nwadiala dị otu a akwabeghị nne ya, mara na ọ chọọ ịkwa ya, ndị ikwunne ya agaghị ekwe bịa kụọrọ ya akparata. Ọ bụ nke a mere na ndị ikwunne anaghị achọ iji anya hụ ụmụdiala ha ndị ọzọ ebe ha gara ịkụakparata na akwamozu ada ha nwaanyị.Ndị ọzọ agbara ajụjụ ọnụ kwadokwara ihe a Maazị Ọnwụkwe kọwara.

Ya bụ, site na ihe ndị a agbara ajụjụ ọnụ kwuru, ndị na-akụ akparata bụ ndị ikwunne ndị na-akwa nne ha, ọ bụghị ụmụdiala maka na nke a mee, nwadiala dị otu a etinyela onwe ya na nnukwu nsogbu n'ebe ndị ikwunne ya nọ, ọkachasị ma ọ bụrụ na nne ya ka nọ ndụ.

**Usoro a na-agbaso n'ịkụakparata**

N'Obuọvia, nwanchọcha gbara Maazị Nwavọori bụ ezemmụọ ala Ọgwụ niile ajụjụ ọnụ banyere usoro a na-agbaso n'ịkụ akparata. Ọsịrị na usoro a na-agbaso bụ ime ndị opieke, ịta ụkpaka akparata na itegbu ọkụkọ. Ndị ọzọ Okolonta, Ụwakwe na Udeji kwadoro ụsa Nwavọori. Site n'azịza ndị a ha nyere, nwanchọcha chọpụtara na o nwere usoro a na-agbaso, ya bụ ihe dị iche iche ada nwaanyị lara mmụọ maọbụ nwa ya nwoke ma ọ bụrụ na ọ mụtaghị nwaanyị ga-eme.

**Ime ndị opieke**

Ihe nke mbụ a na-ebu ụzọ eme bụ na a ga-egbu otu nne ewu were siere ndị opieke ji awaị, nke a bụ iji zie ha ibu dị ka ndị Ọgwụsi ekwu ya.

Ha richaa ji awaị ahụ, a na-ebunye ndị na-akụ opieke otu nkata ede, otu nkata ede. Ndị na-akụ opieke na-adị mmadụ anọ. Nwavọ Ori kọwara na ihe eji ebunye ndị opieke ede bụ iji gosi na nwaanyị a na-akwa tozuru etozu makana ọ bụ ede ka nwaanyị na-akọpụta n'ugbo ya n'Ọgwụ oge ọ nọ ndụ. Ndị opieke ga-akụ opieke iji kelee ndị ha bịara be ha na nri na onyinye ha nyere ha.

**Ịta ụkpaka opieke**

Ọ bụrụ na e nyechaa ndị opieke nri, ada nwaanyị lara mmụọ a na-eme mmemme akwamozu ya ga-apụta bịa gbue ikpere n'ihu ndị opieke wee taa ụkpaka na azụ nkụrụnkụ agwọnyere n'ọkụ nke ndị Ọgwụ na-akpọ 'ochiri'. A na-edote ọkụ ụkpaka ahụ n'ihu ndị opieke weta akwụkwọ ogirisi anọ chịsa n'ala, waa ọjị wụkwasa n'elu akwụkwọogirisi ahụ, wee dọkwasa ya ọkụ ụkpaka ahụ n'elu akwụkwọ ogirisi ahụ. Ada nwaanyị a ga-ata ụkpaka ahụ ọsọọsọ. Oge ọ na-ata ụgba a, ụmụnne ya ndị ọzọ ga-apụta kwụrụ n'ọgbọ jikere maka ịgba egwu akparata.

**Ntigbu ọkụkọ na ịgba egwu akparata**

Ada tasịa ụgba, ọ ga-eweta nnekwu ọkụkọ nwụdo n'aka, ndị ikwunne ha abụọ ga-akụrụ ha akparata ka ha gbaa. Ndị na-akwa nne ha ga-ebido gbawa egwu akparata, ka ha na-agba egwu a, ada ha nwụ ọkụkọ n'aka ga na-eṅefe ha ọkụkọ ahụ n'isi wee na-eti ya n'ala. Ọ ga-emegide nke a ruo mgbe ọkụkọ ahụ nwụrụ.

Ọbụghị iwu na ọ ga-abụ ada ga-eme mmemme a, ọ bụrụ na ada anọghị ya, onye ọzọ ga-eme ya. Ndị na-akụ opieke ga-akụrụ egwu na-aga n'ihu. Ada nwaanyị ahụ nwụ ọkụkọ ga na-eṅefekwa ọkụkọ ahụn'isi ụmụnne ya niile ka ha na-agba egwu ma na-etikwa ọkụkọahụ n'ala, ihe a ka ọ ga-emegide tutu ọkụkọ ahụ anwụọ. Ogeọ na-eti ọkụkọ ahụ n'ala, abụba ya ga na-adapụta na-efesasị, ọ bụrụ na onye akwaghị nne ya nọ ebe ahụ, ọ na-ejiri ọsọ gbapụ tupu agbawa egwu akparata. Maazi Okolonta kọwara na ihe e ji eme nke a bụ niihi na abụba ọkụkọ ahụ a na-eti n'ala metụ onye ahụ akwaghị nne ya, ga-eji ọsọọsọ mee mmemme akwamozu nne ya ma ego ọ dị ma ego adịghị, ma ọ bụghị otu ahụ, nne onye ahụ lara mmụọ ga-akụgbu nwa ya n'iwe niihi na ọ kwaghị ya wee na-aga ebe ndị ọzọ na-akwa nne ha.Nwaamadị a kọwara na ọ bụ nke a mere na a naghị ekwe ka ụmụaka nne ha nwụrụ emebeghị mmemme akwamozu nne ha gaa ebe a na-akụ akparata. Niihi na o nwere ike uche onye ọbụla apụọ ebe ụmụaka dị otu nọ oge a na-akụ akparata, abụba ọkụkọ ahụ nwere ike metụ ha. Nke a na-ebute oke mgbagharị nakwa mmefu ego makana ha adịghị njikere ịkwa nne ụmụaka dị otu a n'oge ahụ.

Oge ndị na-akwa ozu gbasịrị akparata, ndị niile mere mmemme akwamozu nne ha ga-apụta n'ọgbọ egwu ahụ bịa na-agba egwu ma na-

atụtụkọta abụba ọkụkọ ndị ahụ niile fesara mgbe a na-agba egwu akparata nke ọma. A ga-akpachapụ anya n'ịtụtụ abụba ọkụkọ ahụ ka ọ ghara inwe nke a ga-ahapụ makana ndị akwaghị nne ha emee zọọ abụba ọkụkọ ahụ ụkwụ maọbụ ikuku eburu ya bufee ebe ha ga-emetụ ya aka n'amaghị ama. Oge a tụtụchara abụba ọkụkọ ahụ, a na-awụnye ya n'akpa eji echekwaba akparata. Ọ bụ ọrụ onye ahụ na-echekwaba akparata isu abụba ọkụkọ ahụ ọkụ n'ime olulu mgbe ọ lara na be ya.

Ndị ọzọ niile agbara ajụjụ ọnụ kwadoro ihe Maazị Okolonta kọwara maka mmemme ịkụ akparata dị ka isi sekpụ ntị na mmemme akwamozu nwaanyị n'Ọgwụ.

**Nchịkọta**

Nchọcha a gosipụtara na ịkụ akparata dị nnukwu mkpa n'akwamozu nwaanyị n'obodo Ọgwụ ọ kachasị n'oge ochie. Ọ bụrụ na akụghị akparata n' akwamozu nwaanyị, ihe ọ pụtara bụ na akwaghị nwaanyị ahụ akwa. Onye akwaghị akwa na nkwenye ndị Igbo na-akwụ n'ezi n'ala mmụọ, mmiri na anwụ na-amakwa onye dị otu a wee ruo mgbe akwara ya.Onye akụghị akparata n'akwamozu nne ya a na-ewere ya, na ọ kwaghị nne ya akwa n'Ọgwụ.

N'oge ugbu a, ndị ụka jụrụ ebe niile, mere na ọtụtụ ndị Ọgwụ anaghịkwa akụ akparata n'akwamozu nne ha. Ha na-akwazị ozu n'usoro ndị ụka ha na-aga wepụtara.Ha na-agakwa ebe a na-eme mmemme akwamozu ma metụ abụba ọkụkọ aka, ọ dịghị ihe na-eme onye dị otu a. Ya mere nwachọcha jiri chọpụta na ihe dị mkpa bụ ka akwaa onye nwụrụ anwụ akwaa maọbụ n'ụsoro ụka maọbụ n'usoro omenaala ka mkpụrụobi onye ahụ wee zuru ike n'udo makana ndị Igbo kwenyere na onye akwaghi akwa anaghị aba n'ụlọ n'ala mmụọ.

Nwanchọcha na-atụ aro ka ndị ụka dị iche iche gbaa mbọ nabata omenaala Igbo ndị dị mma niihi na ndị ọcha wetere ụka nwekwara omenaala ha. Omenaala ndị Igbo na-eme ka asụsụha na- eto eto, niihi na ọ bụ asụsụ ka eji ezipụta omenaala ebe asụsụ son'omenaala ndị. Ọ bụrụ na omenaala ndị nwụọ, asụsụ ha ga-anwụ. Obodo maọbụ agbụrụ asụsụ ha nwụrụ efuola, e nweghịkwa ike ịchọta ha. Ka e wee gbanahụ asụsụ ọbụla ifu efu, obodo ọbụla ga-agba mbọ ihibe ụzọ dị iche iche ha ga-esi na-ewebata, hazien'ụzọ dị mma ma kuzierendị na-etolite etolite omenaala ha ka o wee ghara ịnwụ.

**Edensibịa**

Achebe, C`. (1958). *Things fall apart*. Ibadan: Heinemann.

Achebe, C. (1964). *Arrow of God*. Ibadan: Heinemann.

Agbasiere, J. T. (2000). *Women in Igbo life and thought*. London: Frankass.

Basden, G .T (1921).*Among the Igbos of Nigeria*. London: Frankass.

Booth, S. & Newell, A. (1977).*A Symposium: African religion*. New York: NOK Publishers.

Mbiti, J.S (1975). *Introduction to African religion*. London: Heinemann.

Ogbalu, F.C.(1979). *The book of Igbo customs.* Varsity Press: Onitsha.

Osuagwu, B. I. N. (1979). *Ndị Igbo na omenaala ha*. Ibadan: Macmillan.

Parrinder, E. G. (1976). *African traditional religion*. London: Sheldon.

Ubesie, T. U. (2004). *Ọdịnaala ndị Igbo*. Ibadan: Oxford University Press.

Nkọwada**Ndị a gbara ajụjụ ọnụ**

| Aha | Afọ | Ọrụ Aka | Aha Obodo ya |
|---|---|---|---|
| **Nwokolo Nwavo** | Iri asatọ na ise | Ịkụnkwa | Ọhaja- Ọgwụ |
| **Alibisi Oko** | Iri asaa na itolu | Ọrụ ugbo | Ogboli -Ọgwụ |
| **Ezeagụ Nwaude** | Iri asaa na out | Dibia mgbọrọgwụ | Obuọvịa-Ọgwụ |
| **Nwuko Okekeocha** | Iri asatọ | Ịgba nta | Ụlụlọ-Ọgwụ |
| **Udeinya Nwaata** | Iri isi na anọ | Ọkpụ ụzụ | Ogboli -Ọgwụ |
| **Udeji Chukwunta** | Iri itolu na abụọ | Ịma mbem | Ọlụcha-Ọgwụ |
| **Ụwakwe Nwugo** | Iri asatọ na asaa | Dibịa afa | Uhuegu-Ọgwụ |
| **Oti Nwavoije** | Iri asatọ na isii | Ọrụ ugbo | Amaọvịa- Ọgwụ |
| **Ebute Chukwuojị** | Iri itolu na asaa | Ite nkwụ | Ololi -Ọgwụ |
| **Ọnwụkwe Aṅụ** | Iri asaa na atọ | Ọrụ ugbo | Olikwu- Ọgwụ |
| **Nwavo Ori** | Iri asatọ na asatọ | Ezemmụọ | Amokwe-Ọgwụ |
| **Okolonta Dibịa** | Iri itolu na abụọ | Ịtụ Akparata | Umuhu-Ọgwụ |

# NDEHIE "NA": ILEBA ANYA N'EDEMEDE ỤMỤAKWỤKWỌ ALVAN IKOKU FEDRAL KỌLEEJI KEEDUKESHỌN, OWERE

**Florence Ọlachi Okere**
**08038002552**
**Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere, Naịjirịa**

## Ụmịedemede

Nchọcha a bụ maka ndejọ '**na**' n'ụtọasụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ ógó NCE (Nigerian Certificate in Education), Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere. Mbunuche nwa nchọcha bụ ịchọpụta ebe ụmụakwụkwọ ndị a na-edejọ '**na**' n'ụtọasụsụ Igbo, ọrụ dị iche iche '**na'** na-arụ n'ahịrịokwu. Nchọcha a gbasoro usoro sọvee. E jiri ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dịiri ise mee nchọcha a, ndị gụnyere ụmụnwaanyị iri anọ na ise, na ụmụnwoke dị ise. Ha dum dere ihe nnwale e nyere ha n'ozuzu òkè. Ndehie ' **na**' n'ebe ụmụakwụkwọ ndị a nọ kpaliri mmụọ nwa nchọcha ịhọrọ isiokwu a. Nwa nchọcha gbasoro atụtụ ntụcha ndejọ wee mee nchọcha a. A chọpụtara na ihe ndị na-ebutekarị nramaahụ a gbasara odide '**na**" bụ a kpachapụrụghị usoro odide ụtọasụsụ Igbo anya nke ọma, nleghara anya, ndụ ọgbasaghịm nakwa a maghị nke ekwe na-akụ n'ihe gbasara ndetali asụsụ Igbo. Na nnyocha e mere, a chọpụtara na ụmụakwụkwọ ndị kacha dejọọ '**na'** n'ederede nnwale nta ahụ bụ ndị N.C.E. II, ebe ndị mekarịsịrị nke ọma bụ ndị N.C.E.III. N'ikpeazụ, nwa nchọcha tụrụ aro ka ụmụakwụkwọ nọgasị n'ụlọakwụkwọ dị elu na Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Igbo, ndị sekọndịrị nakwa praịmarị jisie ike mụta ka e si ede '**na**' nke ọma dịka mgbe ọ na-arụ ọrụ mbuụzọ, njikọ,nnyemakangwaa na isingwaa. Nke a ga-eme ka odide na ọgụgụ asụsụ Igbo dị mfe.

## Mkpọlite

Ndị Igbo na-ekwu okwu sị, "o nwerịrị ihe mere ede jiri bee nwụrịrịm". Ọzọ bụ na "awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu". Nke ọzọna-ekwu na "ihe ọkụkọ

bù mmiri achụ dị ya oke mkpa". Odide "**na**" n'asụsụ Igbo tụmadị n'etiti ụmụakwụkwọ na Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji keedukeshọn, Owere, na-ewute nwa nchọcha n'ihi ndejọ ha na-edejọkarị '**na**' kpaliri mmụọ nwa nchọcha ịhọrọ isiokwu a.

Ka o sila dị, o nweghị ihe mebiri emebi enweghi mmezite. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ. Ebe ọ bụ na asụsụ zuuru ndị nwe ya òkè, ọ gaghị adị mma ka oke ndị Igbo funahị ha n'ihi enweghị ezi mkpachapụ anya banyere ya. Ebe ọ bụ na nkụ dị na mba na-eghere mba nri, ọ bụ gịnị mere na ndị Igbo agaghị enwe mmasị n'odide asụsụ ha? Ihe ọbụla nwere usoro ọ na-agbaso tupu ọ dị mma. Ọ bụ ezi usoro a ka a ga-elebanye anya n'ọrụ a dịka: mgbe '**na**' na-arụ ọrụ mbuụzọ, njikọ, nnyemakangwaa na isingwaa. Nke ọbụla nwere usoro e si ede ya iji ziwapụta echiche zuru òkè. Odee ọbụla agbasoghị usoro odide a, enweela ndejọ pụrụ iche.

Asụsụ bụ ndụ agbụrụ ma bụrụkwa ụda a haziri nke ọma maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ndeta asụsụ ọbụla ga-adabarịrị n'ụtọasụsụ asụsụ ahụ ebe ọ bụ na asụsụ niile nwerịrị iwu ụtọasụsụ nke ya. Ndejọ ka a na-akpọ nke a oge ọbụla odee leghaara ụfọdụ iwu ụtọasụsụ e nwere n'asụsụ anya. Mana ọ bụ n'asụsụ Igbo ka odee lekwasịrị anya na nchọcha ọ na-eme.

N'asụsụ Igbo, '**na**' so n'ime otu mbuụzọ e nwere. ' **Na'** na-apụtakarị ihe n'ahịrịokwu dị iche iche dịka ọrụ ha na-arụgasị siri dị. Ọrụ ndị a '**na**' na-arụ n'ahịrịokwu bụ:

Ọrụ mbuụzọ
Ọrụ nnyemakangwaa
Ọrụ njikọ
Ọrụ isingwaa

Nchọcha a dị ọhụrụ n'ihina e nwechabeghi onye maọbụ ndị degoro ọtụtụ ihe n'isiokwu a n'ebe ọ dị ukwuu karịa naanị n'akwụkwọ ọgụgụ Igbo ụfọdụ.Ya mere ihe ndị ọzọ derela banyere isiokwu a jiri bụrụ ọgbatụhie nye nwa nchọcha n'ọrụ a. Nke a mere o ji dị mkpa na ndị nchọcha ndị ọzọ ga-agba mbọ malite n'ebe nke a kwụsịrị iji kọwakwuo ka odide '**na**' si didebe mkpa n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ihe kpalitere nchọcha a bụ na ụmụakwụkwọ Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji keedukeshọn, Owere,na-ada oke iwu gbasara odide **na** n'asụsụ Igbo. Nwa nchọcha na-ajụzi maọbụ na ọkpụ isi amaghị akpụ ka ọ bụ na agụba adịghị nkọ? Nsogbu a mere nwa nchọcha jiri họrọ isiokwu a ka e nwee ike lebanye nsogbu a anya ka ụdị ihe ọjọọ a nwee ike belata ma mee ka odide asụsụ Igbo bụrụ ihe ga-adịrị ụmụakwụkwọ ndị a nakwa ndị odee ndị ọzọ mfe.

Ebe ọ bụ na nchọcha a bụ maka ndejọ **na** n'ụtọasụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji keedukeshọn, Owere, nchọcha a ga- ejedebe n'ụlọakwụkwọ Alvan Ikoku Fedral Kọleejị Keedukeshọn n'ime Owere Munisipal na Steeti Imo.

Nwa nchọcha bu n'uche ịmata ma o nwere ka a ga-esi mee ka ụmụakwụkwọ Alvan na ndị ọzọ dịiche iche na-edezi **na** n'asụsụ Igbo. A ga-emezu nke a site n'ịkọwaziri ha nke ọma ụzọ dị iche iche e si ede **na** n'asụsụ Igbo, na ọrụ dị iche iche '**na**' na-arụ n'ahịrịokwu iji ziwapụta echiche zuru òkè n'usoro odide ụtọasụsụ Igbo. Ụdị ederede a chọrọ ihe nnwale n'ebe ụmụakwụkwọ ndị a nọ nke ga-enyere nwa nchọcha aka ime ka ebumnuche ya bịa na mmezu. A ga-anwale ha site n'ịsị ha dee edemede maka 'ụlọakwụkwọ ha'. N'otu aka ahụ, nwa nchọcha ga-ebu n'uche na nchọcha ọ na-eme ga-abara ọhanaeze uru, ọkachasị n'ebe ndị nwere ọnụnụ ọkụ n'obi gbasara asụsụ Igbo, ndị odide **na** na-enye nsogbu n'ebe ọ dị ukwuu tinyere ndị ọzọ ga-eme nchọcha n'isiokwu yitere nke a n'ọdịnihu.

E kewara edemede a ụzọ dị iche iche dịka ụmịedemede, mkpọlite, ntụleghari agụmagụ, nkọwa isiokwu kpọmkwem, ntụleghari atụtụ dị iche iche, nchọcha e merela n'isiokwu, nchịkọta ntụleghari agụmagụ, nkọwasị atụtụ, usoro a gbasoro mee nchọcha a, ngosipụta na nkọwasị ngwa nchọcha, ebe nke ikpeazụ bụ nchịkọta nchọpụtagasị, mmechi na aro nwa nchọcha.

**Ntụleghariagụmagụ**

Agụmagụ anaghị ezucha òkè ma onye nchọcha ebughi ụzọ nyochaa ma tụleghara ihe ndị odee ndị ọzọ derela gbasara isiokwu ọ na-ede maka ya. Nke a bụ iji nweta isi ihe a na-enyocha n'edemede. N'ihi nke a, nchọcha a ga-enyocha odide **na** dịka ndị odee ndị ọzọ siri kọwapụta ya. Nwa nchọcha ga-ezipụta etu ụmụ akwụkwọ ndị a si edejọkarị ya ma gosipụtakwa ụzọ kacha mma e kwesiri iji na-edepụta ya. Ntụleghari ihe ndị e derela n'isiokwu gbadoro ụkwụ n'ihe ndị a: nkọwa isiokwu, nnyocha atụtụ, nchọcha e merela n'isiokwu, nchịkọta na atụtụ nchọcha.

Ume, Ugoji na Dike (2006:93) kọwara mbuụzọ dịka mkpụrụokwu ndị ahụ na-ebute mkpọaha ya na ya nwere mmekọrịta n'ahịrịokwu ụzọ. Ha gbakwụnyere na e nwekwara ike ile ya anya dịka otu n'ime nkejiasụsụ ndị e nwere n'Igbo. Ezeomeke (2011:94) kwupụtara na mbuụzọ e nwere n'Igbo bụ naanị **na**. Ọ sịrị na ihe dị oke mkpa maka ya bụ etu e si ede ya. N'uche ya, ọ kọwara na ọ dị ụzọ abụọ e si ede **na** dịka mbuụzọ n'asụsụ Igbo. Mgbe okwu na-eso ya jiri ụdaume bido, a na-ewepụ 'a' dị na **na** tinye rịkọm elu n'ọnọdụ ya dịka n'okwu ndị a:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| na | + | akpa | = | n'akpa |
| na | + | ugbo | = | n'ugbo |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| na | + | osisi | = | n'osisi |
| na | + | ahia | = | n'ahịa |
| na | + | Eke | = | n'Eke |
| na | + | Ọnịcha | = | n' Ọnịcha |

Ọzọ, mgbe okwu na-eso ya jiri mgbochiume bido, a na-ede**na** iche ma dekwa okwu ahụ iche dịka:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| na | + | kpakpando | = | na kpakpando |
| na | + | Legọọs | = | na Legọọs |
| na | + | kọleji | = | na kọleji |
| na | + | Sokoto | = | na Sokoto |

Okoro (2011:48) nyere ntụziaka maka nkuzi **na** n'Igbo. Ọ na-ekwupụta na a bịa n'asụsụ Bekee, mbuụzọ e nwere karịrị akarị dịka (to, for, in, on, at, under), wdg., mana a bịa n'asụsụ Igbo, ihe e nwere bụ sọọsọ otu mbuụzọ ya bụ **na**. Ọ gbakwụnyere na **na** na-apụtakarị ihe n'ahịrịokwu dị iche iche dịka ọrụ ha na-arụ siri dị. A na-ede **na** n'ahịrịokwu dịka nnyemakangwaa. Ọ sịrị na n'oge dị etu a, a na-ewere akara uhie (-) jikọta ya na ngwaa na-esote ya dịka: **Okorie na-eri nri, Uche na-aga ahịa, Obi na-agba bọọlụ, Ada na-agba egwu,** wdg.

Ọzọ, **na** nwere ike ịrụ ọrụ nnyemakangwaa n'ebughi akara uhie ọ bụla dịka: Ọ**na**kwa abịa, Ọ**na**rị aga ije, wdg. Ọ dị mkpa ịkọwa na '**na'** so n'otu mbuụzọ e nwere n'Igbo. Emenanjọ (1991:76) kọwara na Igbo izugbe nwere sọọsọ otu mbuụzọ pụtara ihe. Ọ sịrị na ọ bụ **na**. Dịka o siri kọwaa, mbuụzọ na-ebu ụzọ, aha maọbụ mfinitiiv ya na ya na-agakọ ana-eso ya. Mbuụzọ adịghị ka o nwere ụdachi. Ọ bụ mkpụrụ ụdaasụsụ na ụdaolu na-eso ya na-enye ya ụda dịka:

| **Ọsụsụ** | | | | | **Odide** |
|---|---|---|---|---|---|
| na | + | ala | nààlà | → | n'àlà |
| na | + | elu | néélú | → | n' élú |
| na | + | uko | n'ùùkó | → | n'uko |

Okafọ na Ewelukwa (2012:182) kọwara mbuụzọ dịka otu n'ime nkejiasụsụ e nwere n'asụsụ Igbo. Ha kọwakwuru na ọ bụ mkpụrụụda abụọ a na-etinye n'aha ihe maọbụ na nnọchiaha iji gosi mmekọrita mkpụrụokwu ha maọbụ gosị ebe ihe nọ. Ha gbakwụnyere na mgbe ọ bụla a na-eji mbuụzọ emebe ahịrịokwu, mbuụzọ na-ebukarị ụzọ ebe mkpọaha ga na-esote ya n'azụ. Na nkọwa ha, mkpụrụokwu e ji mara mbuụzọ bụ naanị **na.** Ha kọwara na ọ dị sọọsọ ụzọ atọ pụtara ihe e si ede mkpụrụokwu a bụ**na** dịka mbuụzọ.

- Mgbe **na** na-eso okwu bidoro n'ụdaume dịka: Ọ nọ n'elu osisi.

- Mgbe **na** na-eso okwu bidoro na mgbochiume dịka: Ọ gbara bọọlụ na Kanu.
- Mgbe **na** na-eso okwu bidoro na myiriụdaume dịka: O bi na mmiri. Azụ dị na ngiga.

Echebima (2013:41) kwuru na mbuụzọ so na nkejiasụsụadịchaghị mfe na nkọwa ọ bụladị n'asụsụ Bekee. Ọ na-akọwa na ihe dịkarịsịrị mkpa bụ ụzọ dị iche iche e si eji ya emebe ahịrịokwu n'ebe ọ dabara adaba. N'iga n'ihu, ọ kọwara na e nwere ike ile mbuụzọ anya dịka okwu e ji amata ebe, ntụzịaka maọbụ ka ọnọdụ ihe siri dị dịka mgbe a na-asị n'asụsụ Bekee mkpụrụokwu ndị a: *in, on, at, above, beside, near, before, beyond* na ndị ọzọ. Ọ sịrị na ihe e ji ama mbuụzọ bụ **na** dịka mgbe a na-ede ya n'uju, mgbe a na-ewepụ **'a'** tinye rịkọmelu nakwa mgbe a na-etinye akara uhie na ya iji nyere ngwaa na-esote ya aka. Na nkọwa o nyere, o mere ka amata na mgbe ọ bụla e wepụrụ '**a**' dị na **na**, na e nweela ihe a na-akpọ olilo ụdaume dịka: n'ụlọ, n'ezi, n'ama, n'elu, wdg.

Ọfọmata (2013:107) na-agba àmà na **na** bara nnukwu uru n'asụsụ Igbo. Ọ na-akọwa na o nweghị ka mmadụ ga-esi sụchaa asụsụ Igbo n'etinyeghi ya **na.**Ọ bụrụgodu mgbe a na-ede ụtọasụsụ Igbo ede, **na** ga-esirịrị n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ bata n'ime ihe a na-ede. N'okwu Ọfọmata, onye ọ bụla na -amụ ụtọasụsụ Igbo tosịrị ịgba mbọ mụta ọrụ dị iche iche **na**na-arụ. Nke a ga-eme ka edemede asụsụ Igbo dịrị odee mfe.Ọgbalụ (1983) na-akọwa na e nwegasịrị ụdị ọrụ ọzọ 'na' na-arụ dịka njikọ na nnyemakangwaa. Na njikọ, ọ sịrị na a na-ederu 'na' n'isi dịka ọ dị na mbuụzọ nke pụtara na okwu na-esote ya malitere na mgbochiume maọbụ na myiriụdaume.

Odide **na** bụ ihe a na-ahụta dịka ihe siri ike n'ebe ndị Igbo ụfọdụ nọ ọkachasị n'ebe ụmụakwụkwọ Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks,nọ. Nkuzi 'ọrụ**na'** n'ọmụmụ asụsụ Igbodị ezi mkpa na ndụ ụmụakwụkwọ ma a bịa na nkuzi ụtọasụsụ Igbo. **Na** na-apụta ihe n'ahịrịokwu dị iche iche dịka ọrụ ha na-arụgasị siri dị. A na-ede 'na' n'ụzọ atọ ndị a kacha pụta ihe: **na, n', na-**. Ihe nke a pụtara bụ na oge e ji ede ụdị **na** nke mbụ bụ mgbe ọ na-arụ ọrụ n'ahiriokwụ dịka njikọ. Okafọ na Ewelukwa (2012:182) nyegasịrị ọmụmaatụ ya n'ụzọ dị etu a: a na -ede **na** n'ahịrịokwu dịka nnyemakangwaa. Oge dị etu a, a na-ewere akara uhie (-) jikọta ya na ngwaa na-esote ya, dịka: Okorie **na-**eri nri, Uche **na-**aga ahịa, Obi **na-**agba bọọlụ, Ada **na-**agba egwu, wdg. Oge ọzọ **na** na–arụ ọrụ dịka ọ kọwara bụ mgbe ọ na-arụ ọrụ dịka nnyemakangwaa mgbe e nwere nganihu 'a' n'ihu ya dịka: Ụmụ nwaanyị a**na**-emeka ka a ga-asị, Nwata ahụ a**na**-erika nri, Okocha a**na**-agbaka bọọlụ. Ọzọkwa, mgbe **na** ji arụ dịka nnyemakangwaa n'enweghi akara uhie (**-**) ọ bụla bụ mgbe o nwere mgbakwụnye njụ **ghị,** dịka: Ọ**na**ghị ehi ụra ehihie, Ọ**na**ghị ekwusi okwu

ike, Ọ**na** ghị anụ ndụmọdụ. Ọzọ, **na** nwere ike ịrụ ọrụ nnyemakangwaa n'ebughi akara uhie ọ bụla, dịka: Ọ**na**kwa abịa, Ọ**na**ri aga ije.

Apakama (2002:15) kwuru na asụsụ Igbo nwere naanị otu mbuụzọ. Na nkọwa ya, mbuụzọ enweghị ụdachi ya, ọ bụ okwu na-eso ya na- ezipụta ụda ya. Ọ sị na ọ bụrụ na okwu na-eso ya bidoro n'ụdaume, ụda ya ga-abụ ụda ụdaume ahụ. Ọ na-agbatikwu **na**, mgbe okwu na-eso**na**bidoro n'ụdaume, a na-ewepụ **a** dị na **na** ma were rịkọm elu dochie ya,ịmaatụ: **n'**Aba, **n'**elu, **n'**isi, **n'**aka, wdg. Rịkọm a dị n'elu okwu ndị a na-egosi na **a** dị n'ihu ụdaume bụ nke e wepụrụ ewepụ. Ma mgbe **a** dị n'ihu myiriụdaume, a naghị ewepụ **a** ọ bụla, a naghịkwa etinye rịkọm elu ebe ahụ dịka: **na** Nsụka, **na** Mbieri, **na** Njaba, **na** Ngọ-ọkpala, wdg. Ọ bụrụkwa na okwu na-eso ya bidoro n'ụdaala, ọ pụtara na mbuụzọ ga-enwe ụdaala. Mana ọ bụrụ ụdaelu, mbuụzọ ga-abụkwa ụdaelu,ịmaatụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| ná | + | ísí | n'ísí |
| nà | + | àlà | n'àlà |
| ná | + | ímé | n'ímé |

Ọ bụrụ na **a** dị n'ihu mgbochiume, nke a pụtara na okwu na-eso **na** bidoro na mgbọchiume, a naghịkwa ewepụ **a** dịka: na Legọọs, na Bini, na Kanu, wdg. "ọ" a gbakwụnyere okwu mfufe isi maọbụ njụ dịka **ghị.**Ịmaatụ: Ọ **naghị abịa**, **Ọ naghị ekwe ekwe ma ọlị**, wdg. Ọrụ 'na' na-arụ n'usorokwu ndị a bụ isingwaa a gbakwụnyere nsonaazụ njụ. Ọzọkwa, e nwere ike ịgbakwụnye irighịrị okwu dị etu a**: Ha nari ekwu okwu**, **Ọ nakwa abịa taa**.

A bịa n'ọrụ **na** na-aru n'ahịrịokwu dịka njikọ, ọmụmaatụ ya gụnyere ndị a: Ji **na** ede bụ ihe oriri. Ada **na** Obi bụ ụmụnne, wdg. **Na** na-arụkwa ọrụ dịka mbuụzọ. Mgbe **na** na-aru ọrụ dịka mbuụzọ n'ahịrịokwu, a na-ewepụ 'a' tinye rịkọm elu (') n'ahịrịokwu ọ bụla ọ pụtara ihe na ya. Ịmaatụ: Nnụnụ beere **n'**elu osisi. Ọ dị **n'**ime ụlọ wdg. Nke a pụtara na onye edemede ọ bụla amaghị usoro ndị a ga na-enwe ihe nramahụ na iri mperi n'edemede ya.

Oge ọ bụla a sị na **na** na-arụ ọrụ dịka mbuụzọ n'ahịrịokwu, ihe ọ pụtara bụ na**na** nọ n'ihu mkpụrụokwu igosipụta mgbe, ebe, etu, na ụzọ ya bụ ihe a na-ekwu maka ya siri dị. Ọ dị usoro abụọ a na-agbaso ma ọ bụrụ na a na-edepụta **na** dịka mbuụzọ. Ọ bụrụ na **na** buru ụzọ na mkpụrụokwu ọ bụla mkpụrụedemede bidoro ya bụ ụdaume, a ga-edekọ ya na mkpụrụokwu ahụ ọnụ. A ga-ewepụ **a** ahụ tinye rịkọm. Ọmụmaatụ:

| **Mkpụrụedemede ndịbidoro n'ụdaume** | | **Ndezi** |
|---|---|---|
| Na ala | ⟶ | N'ala |

Na uko → N'uko
Na ime → N'ime

Etu a ka e kwesịrị isi de ya dịka usoro ụtọasụsụ Igbo siri dị. N'agbanyeghị ụzọ atọ ndị a pụtara ihe e si ede **na** n'Igbo, e nwekwara ụdị dị iche iche dịka isingwaa. Mgbe **na** na-arụ ọrụ dịka isingwaa bụ oge **na** ji akwụrụ na mkpụrụokwu ngwaa dịka ogwe ji ya bụ mkpụrụokwu. **Na** ga-anọ dịka nna nwe mkpụrụokwu na nghọta ya. Ọ bụrụ na e nwee ka e si wepụ **na**, mkpụrụokwu ahụ gaghịezipụta nghọta e bu n'obi maọbụ ghara inwe nghọta ọ bụla. Ịmaatụ:

a) **Na**ta Ifeanyị ego ahụ.
b) **Na**ra ya osisi ahụ.
ch) Ọ**na**batara ya nke ọma.

Ọzọkwa, a chọpụtara na e nwegasịrị ụzọ ndị ọzọ pụtara ihe e si ede **na** na-abụghị ụzọ atọ ndị a pụtara ihe. Ha gụnyere: mgbe ọ bụla **na** nọ n'ihu mkpụrụokwu mkpụrụedemede bidoro ya bụ mgbochiume, maọbụ myiriụdaume, a na-ede **na** ọkwụụrụ onwe ya dịka:

na nkụ → ụtụ dị na nkụ ahụ.
na gbamgbam → A tụrụ okwute na gbamgbam.
na nwoke → Ihe dị na nwoke dịkwa na nwaanyị.

**Na** na-arụ ọrụ dịka mbuụzọ n'ahịrịokwu. Mgbe **na** na-arụ ọrụ dị ka mbuụzọ n'ahịrịokwu, a na-ewepụ **a** tinye rịkọm, dịka:

n'elu → Nnụnụ beere n'elu osisi.
n'ala → E liri nwoke ahụ n'ala.
n'ime → Ọ nọ n'ime ụlọ.

## Mgbe 'Na' na-Arụ ọrụ Dịka Njikọ

Mgbe **na** na-arụ ọrụ dịka njikọ, ọ na-ejikọ mkpụrụokwu na mkpụrụokwu, nkebiokwu na nkebiokwu, nkebiahịrị na nkebiahịrị, aha na aha, nnọchiaha na nnọchiaha. **Na** dịka ijikọ mkpụrụokwu na mkpụrụokwu. Ịmaatụ: mma **na** njọ, akị **na** ụkwa, elu **na** ala, di **na** nwunye.

### 'Na' Dịka Njikọ Nkebiokwu na Nkebiokwu

a) Ndị uweojii **na** ndị ohi na-agbarịta egbe.
b) Nwaanyị ahụ **na** nwa ya na-ese okwu.
ch) Ụmụakwụkwọ **na** ndi nkuzi ha na-alụ ọgụ.

**'Na' Dịka Njikọ Nkebiahịrị na Nkebiahịrị**

a) Onye ọbịa ahụ bịara **na** ndị obodo o bi na be ha na-enwe nghọtahie.
b) Ebuka sị na Obi ga-abịa.
ch) Ọ makwa **na** m bịara ụnyahụ?

**'Na' Dịka Njikọ Aha na Aha**

a) Chinwe **na** Ngọzi bụ ụmụnne.
b) Mmanụ **na** nnu bụ ụtọ nri.
ch) Agụ **na** ọdụm na-egbu mmadụ.

**'Na' Dịka Njikọ Nnọchiaha na Nnọchiaha**

a) Unu **na** ha sere okwu.
b) Ọ gaghị atụpụrụ gị **na** ya ọnụ.
ch) Okwu ahụ bujere ha **na** ya ụlọikpe.

**'Na' na-Arụ ọrụ Dịka Nnyemakangwaa**

Mgbe **na** na-arụ ọrụ dịka nnyemakangwaa, a na -ejikarị akara uhie (-) ezipụta ya. Mgbe **na** ji arụ ọrụ dịka nnyemakangwaa n'ụtọasụsụ Igbo bụ mgbe **na** na-enyere ngwaa aka n'ịkọwapụta nke ọma ebumnuuche ngwaa n'ahịrịokwu ọdị na ya. Ọmụmaatụ:

a) Uju **na**-agụ akwụkwọ ụtọasụsụ Igbo.
b) Uche **na-**eri ofe egwusi.
ch) Ikenna **na**-agba ọsọ.

Mgbe ọzọ 'na' nwere ike ịrụ ọrụ nnyemakangwaa n'ebughị akara uhie bụ oge**na**nwere nsonaazụ njụ maọbụ mgbe e nwere mkpụrụokwu nọchibidoro **na** na mmekangwaa ọ na-enyere aka, dịka:

Ọ naghị agụ akwụkwọ
Ana m agụ ego
Uche anaghị eri ofe egwusi, wdg.

N'ọrụ a, nwa nchọcha hụtara **na** dịka mkpụrụokwu dị oke mkpa n'ederede Igbo; ebe ọ bụ na o nweghị ka a ga-esi sụ maọbụ dee asụsụ Igbo **na** aghara ịbata. E wezuga **na**, ụfọdụ ihe a na-ede n'asụsụ Igbo agaghị ekwe nghọta. Ka anyị were uche anyị gaa n'ederede aghọtaazaa ụfọdụ anyị na-eme dịka ihe omume. Ọ bụrụ ma mkpọpụta ederede ọ bụla dị ahịrị iri, **na** ga-abata na ya ga-eru iri na ise maọbụ karịa. Ya bụ, n'asụsụ Igbo, ọrụ **na** na-arụ karịrị akarị. Onye ọ bụla ma ụtọasụsụ Igbo ga-amata na **na** bụ ejewe aghaghị n'edemede ọ bụla.

Ezema (2012:3) kọwara ụtọasụsụ dịka asụsụ ọ bụla nwere usoro e ji amata etu kwesịrị ka e were na-asụ maọbụ na-ede asụsụ ahụ. Ọ gakwara n'ihu kwuo na ọ bụ ụtọasụsụ na-eme ka ọ dị mfe ịmụ asụsụ nwekwa ike depụta asụsụ ahụ n'akwụkwọ nke ọma. Ọ bụ n'ụtọasụsụ ka e si amụta maka ụdaasụsụ, mmebe okwu, nghọta mkpụrụokwu, usoro okwu na nghọta ahịrịokwu. E nwekwara ike ịhụta ụtọasụsụ dịka mmewere ọdịdị ụtọasụsụ nke zuru òkè iji kwukọrịta okwu n'ihe gbasara asụsụ ahụ. Onye agbasoghị usoro ụtọasụsụ na-eme ndejọ

Hornby (2015:382) sịrị na ndejọ bụ ihe e dezighị edezi maọbụkwanụ emetachaghị nke ọma. Ọ gbakwụnyere na ndejọ dị n'ụdị n'ụdị dịka nsupejọ, nke na-esi n'aka onye na -ebipụta akwụkwọ, nke na-esi n'aka odee, wdg. E tere ụgba e tere azụ, tupu mmadụ agbanahụ ndejọ, ọ ga-agba mbọ gbasoo usoro iwu a nabatara nke ọma.

**Ntụlegharịatụtụ**

Ọ bụ echiche nakwa usoro ime ihe arọmarọ maọbụ iwu nke mmadụ, nke mbunuche ya bụ ikọwa arụmarụ maọbụ ederede nke ụzọ ya na nke atụtụ ahụ ga-agakọta ọnụ (Ilechukwu: 2016).Langacker (1987) n'ime Mbah (2017) na-akọwa na e ji uche ekpokọta ọtụtụ ihe mgbe niile. Ọ na-akọwa na e wepụ usoro mkpokọta, na e nweghị ka e si hazi uche n'ọdịnala n'usoro ọmụmụ echiche nye asụsụ. A ga-ahụta nkeji maọbụ mkpokọta dịka ikewata ọtụtụ ihe yiri onwe ha. Ọmụmaatụ, a bịa n'usoro nkejiasụsụ; e nwere mkpọaha, ngwaa, mbuụzọ, nkọwaaha, njikọ, wdg., ụdị nkeji a gbadoro ụkwụ etu mkpụrụokwu dị iche iche si yite onwe ha tinyere ọrụ ha na-arụ n'ahịrịokwu. Etuosiladị, dịka Mbah siri kọwaa, nkeji maọbụ nkewata echiche ebighi naanị n'ọtụtụ ihe iyi onwe ha.

N'ezie, odide **na** bụ ịgbaso iwu utọasụsụ Igbo na mmebe mkpụrụokwu, nkebiokwu na ahịrịokwu, ọ ga-abụ ihe nramahụ idepụtacha ndejọ ha na-edejọkarị **na** n'ebughị ụzọ wepụta ebe ụfọdụ a na-enwe ndejọ. Maka nke a, atụtụ dabara iji mee nnyocha isiokwu a bụ atụtụ ndejọ. Ebe atụtụ ndị ọzọ ga-enye aka n'ọrụ a gụnyere, atụtụ njieme, atụtụ ụtọasụsụ izugbe, atụtụ nchọpụta na atụtụ ụtọasụsụ ọdịnala.

**Atụtụ ndejọ**

Ọ bụ Pit Corder tụpụtara atụtụ a n'afọ (1967). Atụtụ ndejọ dịka Akịdị (2016:167) kọwara bụ amụmamụalaka asụsụ ndịnọrụ nke na-akọwa onwe ya n'amụmamụ, mkpokọta nakwa ịkọwapụta ndejọ niile na-esi n'aka ndị na-amụ asụsụ.O teela aka atụtụ ndejọ ji dị mkpa n'okwu a kpụ n'ọnụ n'ebe nkụzi na ọmụmụ dị. N'eziokwu, atụtụ ndejọ enyela aka n'ime ka ndị na-amụ asụsụ dịka asụsụ nke abụọ mụtakwue ka e si ede na ka e si agụ. Atụtụ ndejọ bụ ụzọ nwa akwụkwọ maọbụ onye na-amụ ihe si achọpụta ihe ndị ọ mabughị usoro ha na mbụ ma gbasoro usoro kacha mma na ya bụ ihe. E nwere ndịiche dị na mmejọ na nkwundehie. Mmejọ bụ oge ihe ọ bụla

agbasoghị iwu e nyere maka ya mana nkwundehie bụ akpachapụghị anya n'ihe a na-ede maọbụ eme nke nwere ike ịbụ site n'ụjọ, adịghị ike nke anụ ahụ maọbụ nchefu nke onwe.

Ebe ọ bụ na odide **na** na-enye ụmụakwụkwọ Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naijirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere, nsogbu n'ebe ọ dị ukwuu, atụtụ dabara adaba n'isiokwu a bụ atụtụ ntụcha ndejọ bụ nke Corder (1967) tụpụtara. Ọrụ pụrụ iche atụtụ a na-arụ bụịhụ na e dezitere usoro odide dum ndị na-amụ asụsụ na-eme n'ọmụmụ asụsụ dị iche iche. Mbah, na ndị ọzọ (2013:144) hụtara atụtụ ndejọ dịka ụzọ e si achọpụta na ikewasị ihe ndị anabataghị n'aka onye na-amụ asụsụ. N'otu aka ahụ, Ike (2007:109) sịrị na atụtụ ndejọ na-enye aka ịchọpụta ihe ndị ahụ e dejọrọ edejọ nakwa ebe ndejọ ahụ si, ma dezie ya ozugbo ebe ọ bụ na achọpụtala ebe mmiri si banye n'opi ụgbọgụrụ. N'okwu Anedo (2014:13), ọ sịrị na ihe ọ bụla mmadụ na-eme na ndụ ya, na ihe ọ ga na-ele anya bụ nke kacha mma. Tupu e nweta ọkachamma, a ga-enwerịrị ndejọ. Ndejọ nwerịrị mkpa ọ ga-egbo n'ihe ọ bụla ọ nọ na ya. Lee (1973) n'ime Anedo (2014) kwenyesiri ike n'uru ndehie baara nwa akwụkwọ oge o kwuru hoohaa na ndehie nke nwa akwụkwọ na ọsịsa e nyere ya bụ ndehie na-enyere ya aka na mmụta. Ọ gbakwụnyere na e were ndehie dịka ihe na-akpalite mmụọ karịa ihe na-ewete ịda mba n'usoro ọmụmụ. Ya bụ, nwa akwụkwọ na-eji ndejọ ya were na-atụle amụmamụ gbasara asụsụ ma na-amụtakwa ihe site na ha. Oge nwa akwụkwọ chọpụtachara nsogbu ndejọ ya, ọ ga-emezi ya ọ bụrụ ọkachamma ma gbochie ihe nke dị njọ. Etu ahụ ka ọ dịkwa n'ebe ụfọdụ ndị nkuzi dị. Etherton (1976:69) kwuru na ndejọ nwere ike igosị onye nkuzi ebe nkuzi ya adabachaghị nke ọma. Ezi omume gbasara ndejọ nwere ike iwete agamnihu n'usoro nkuzi site n'ime ka a mata ụdị na ihe na-ebute ndejọ n'ebe ụmụakwụkwọ nọ.

**Nchọcha emerela n'isiokwu**

Izuagba (1998:93) n'aka nke ya na-ekwu na, ebe ọ bụ na ihe dị mkpa gbasara atụtụ ndejọ bụ ịchọpụta ihe ndị e dejọrọ edejọ, ọ na-enyere onye nkuzi na ụmụakwụkwọ aka ịkụ ntu n'isi hama bụ ebe nsogbu ahụ si.Okafọ na Ewelụkwa (2012) kọwara njikọ dịka otu n'ime nkejiasụsụ e nwere n'Igbo. Ọ bụ njikọ na-ejikọ okwu a na-ekwu mgbe a na-asụ Igbo. Ha sịrị na ọ bụ mkpụrụokwu na-ejikọ mkpụrụasụsụ maọbụ okwu abụọ maọbụ karịa n'asụsụ Igbo. Anedo (2014) n'okwu ya sịrị na nnyemakangwaa na-eji akarauhie ejikọta 'na' na mmekangwaa na-eso ya iji mee ka ha rụọ ọrụ dịka ngwaa. Kaosiladi, oge 'na' na-arụ ọrụ dịka nnyemakangwaa n'ahịrịokwu na-egosi ihe na-eme ozugbo ma na-aga ihu maọbụ na ọ na-eme kwamgbe kwamgbe. N'otu aka ahụ, Anedo na-ekwupụta na oge e ji 'na' mere isingwaa, ọnọdụ ya n'ahịrị ahụ bụ iziga ozi ahụ isiahịrị ahụ chọrọ iziga. Ọmụmaatụ o nyere bụ ndị a:

i) Ụlụmma **na**ra ego.
ii) Nnenna **na**tara Nkechi mma.
iii) Obi **na**pụrụ ya ọnọdụ.

Ya bụ, mgbe a na-ede 'na' dịka isingwaa, a na-edekọ ya n'akụkụ ngwaa ndị ọzọ dịka ọ dị n'ahịrị atọ ndị a e depụtara.Uchechukwu (2010) na - akọwa na o teela aka e ji ekwu na mbuụzọ e nwere n'Igbo bụ naanị otu ya bụ **na** nke ntụgharị ya n'asụsụ Bekee pụtara ndị a: *in, on, at*, wdg. Mbah (2010) n'uche nke ya sịrị na mbuụzọ bụ irighiri okwu a na-etinye n'ihu okwu iji ziwapụta ụdị ọrụ ọ na-arụ n'ahịrịokwu ọ bụla. N'okwu Mbah, ọ na-akọwa na mbuụzọ na-atụgharị dịka ngwaa n'asụsụ ọzọ. Ọmụmaatụ ụfọdụ gụnyere ndị a:

**Ibibio**

i. Men okpokoro emi **ka** ufek nimea (Buga tebuul a n'ụlọ ha).
ii. Men okpokoro oko **di**. (Butere m tebuul a).

**Igbo**

i. Were ego ahụ nye Ada.
**ii.** Kpọọ ya si ya bịa.

**Yoruba**

i. Mo so **fun** o (Asịrị m gị/ụnụ bịa)
ii. Olu mu iwe wa **bun** mi (Olu weteere m akwụkwọ ahụ)

Ihe nke a pụtara bụ na, n'ọmụmaatụ e nyere n'Ibibio, mbuụzọ ndị ahụ **ka, di** tụgharịrị dịka ngwaa ndị a e nwere n'asụsụ Bekee. **Ka** gbanwere bụrụzie **na**, ebe ngwaa **dị** nke pụtara /bịa/, n'asụsụ Bekee gbanweziri ụdịdị ya dịka mbuụzọ **na**. Ụdịdị mgbanwe a yitewara ihe mere n'ọmụmaatụ ndị e nyegasịrị n'Igbo na Yoruba. N'ọmụmaatụ Igbo, ngwaa **nye** na **sị** agbanweghị ụdịdị ha ma ọlị. N'asụsụ Yoruba, ngwaa **fun** na **bun** n'otu aka ahụ agbanweela ụdịdị ha bụrụzie mbuụzọ **na**.

N'ịgbatị echiche Mbah, ya na ụfọdụ ndị amụmamụ lingwistik na-agbagha na mbuụzọ e nwere n'Igbo abụghị naanị "**na**". Ọ sịrị na e nwere ụzọ mbuụzọ atọ n'Igbo bụ ndị ọ kpọrọ kemkpụrụasụsụ, kentado na ndị ahụ a na-agbakwụnyegasị ihe na ya ka ha nwee ike zipụta ihe a chọrọ. Ọmụmaatụ ndị a gụnyere;

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| na | - | on, | at, | in, wdg |
| maka | - | about | | |
| gbasara | - | about | | |

Ọmụmaatụ ndị a dị n'elu ebe a ka a ga-eji mebe ahịrịokwu ndị a.

(a) Ọ dị **na** mmiri. (b) Ha na-ekwu **maka** unu. (ch) Ha kwuru gbasara ule.

Mbah n'otu aka ahụ kọwara na mbuụzọ ndị enweghị ike ịkwụrụ onwe ha dịka mkpụrụ asụsụ ndị na-apụta ihe na mkpụrụokwu maọbụ n'ahịrịokwu. Ha so n'ụfọdụ nganiihu ndị Emenanjo (1991) kpọrọ mgbakwụnye nsonaazụ. Ọmụmaatụ ha bụ ndị a:

Ọla egbuoro**la** m ọkụkọ.

Ada esiere**la** m nri.

Emenanjọ (2010) kwupụtara na, n'agbanyeghi na ụfọdụ ndị ọkammụta sịrị na mbuụzọ e nwere n'Igbo karịrị otu mana ọ bụ sọọsọ **na** bụ otu mbuụzọ a maara amara nke ọma n'Igbo. Ọmụmaatụ ndị o nyegasịrị iji mekwuo ka o doo anya gụnyere ndị a:**Na** tupu akara ụdaelu mkpọnimi dịka: **na ndụ**, **na nna,** wdg. **Na** tupu akara ụdaala nke mkponimi na mgbochiume dịka **na nne**, **na Nsụka**, **na Sapele**. **Na** tupu ụdaume dịka: n' ụtụtụ, n' abalị, n' elu, wdg. Emenanjọ na-akọwa na mpụtara okwu ndị a niile na-abụkarị site n'ụdị ngwaa pụtara ihe n'ihe a na-ekwu maka ya nakwa aha ndị na-esote mbuụzọ. Okeke (2010) n'uche nke ya na-ekwu na ụfọdụ ndị ọkammụta ekwuola na mbuụzọ e nwere n'Igbo karịrị otu. Ọzọkwa, ọ na-akọwa na mbuụzọ bụ otu mkpụrụokwu, oge ufọdụkwa ọ bụrụ nkebiokwu a na-ahụkarị tupu mkpọaha maọbụ ụmụ mkpọaha ndị e nwere n'Igbo dịka nnọchiaha. Iji mee ka nkọwa ya dokwuo anya, ụfọdụ ọmụmaatụ ndị a ka a tụlere: Oke nọ **n'**ime akpa. **Na** n'ahiriokwu a bụ mbuụzọ nke na-akọwa nkebiokwu a bụ n''ime akpa'.Okeke na-agbagha echiche ndị ọkammụta ụfọdụ ndị sịrị na mbuụzọ e nwere n'Igbo dị ọtụtụ, ndị dịka Mmadike (1992), Mbah (2006), na ndị ọzọ.

Site n'ihe ndị a nwa nchọcha nwetegasịrị n'aka ndị odee ndị ọzọ dịka ihe ha degorola n'isiokwu a, nwa nchọcha na-ekwupụta na e nweghị ebe ha rụtụrụ aka kpọmkwem banyere ndejọ a na-edejọkarị **na**. Ya bụ, nchọcha ha egbochaghị nsogbu nchọcha a ma ọlị.

**Nchịkọta ntụlegharịagụmagụ**

Na nchịkọta, nwa nchọcha atụlegharịchaala agụmagụ ndị a ma hụta na ọtụtụ echiche dịgasi iche iche gbasara mbuụzọ, ya na ọrụ dị iche iche ọ na-arụgasị n'asụsụ Igbo. A chọpụtara na o nwebeghi onye derela banyere ndejọ **na** dịka ụmụakwụkwọ ndị a nọ na Ngalaba Amụmamụ Asụsụ ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere si edejọ ya.

**Usoro nchọcha**

Ọ bụ usoro tụmbọm tụmbọm ka nwa nchọcha gbasoro wee mee nchọcha a. Ihe o jiri dị etu a bụ maka oge adịchaghị ịhọrọ ụmụakwụkwọ dum nọ na ngalaba ahụ n'otu n'otu.Nwa nchọcha ji usoro sọvee mee nchọcha a. Ọ bụ nchọcha e mere n'ụlọakwụkwọ Alvan Ikeoku Fedral

Kọleeji Keedukeshọn, na Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, na Steeti Imo. Nke a bụ iji nweta kpọmkwem ihe a na-enyocha.

Ọ bụ ụmụakwụkwọ ole na ole nọgasị na Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere ka nwa nchọcha nyegasịrị edemede nnwale nta gbasara 'Ụlọakwụkwọ ha'. Ebe ọ bụ na o doro anya na ọtụtụ **na** ga-abatarịrị n'ụdị ederede dị etu a n'asụsụ Igbo, o nweghị ka nwa nchọcha nyezucha ụmụakwụkwọ dum nọ na ngalaba ahụ nnwale ahụ. Nwa nchọcha họọrọ ụmụakwụkwọ iri ise bụ ndị nọ ógó NCE I, II, na III, ebe ọ bụ na e nwere olileanya na ha ga-abụ ndị nkuzi n'ọdịnihu.

Ngwaọrụ nwa nchọcha jiri mee nchọcha a bụ nnwale ederede nwa nchọcha nyere ụmụakwụkwọ banyere '**Ụ**lọakwụkwọ ha'.Nke ọzọ bụ akwụkwọ ụtọasụsụ Igbo dị iche iche, jọnal ndị e dere ihe yitere isiokwu ederede a, ọkọwa okwu, ụfọdụ akwụkwọ lingwistiks, semina pepa tinyere lekchọ nootu. E jiri pasentị na ọnụọgụ zipụta mpụtara nchọcha a nke ọma site n'ime ka a mata ógó afọ ụmụakwụkwọ ndị emeghị nke ọma na nnwale e mere. Ebe ọ bụ na nwa nchọcha jiri mkpụrụ edide F, P, na E zipụta pasentị ụmụakwụkwọ ndị a dịka: 70-100 E, 50-69 F, 0-49 P.

**Ngosipụta na nkọwasịngwa nchọcha**

Ebe a, nwa nchọcha ga-eji tebuul I gosipụta ụmụakwụkwọ ndị afọ nke mbụ, were tebuul II gosipụta ndị afọ nke abụọ, tebuul III ga-abụ ndị afọ nke ikpeazụ, ebe tebuul IV ga-abụzi nchịkọta ihe e nwetara n'aka ha dum.

Ọzọkwa, na ntụcha a ga-eme ebe a, a ga -eji mkpụrụedide "E" nọchite anya ụmụakwụkwọ ndị kacha mee nke ọma na nnwale nta e nyere ha, were mkpụrụedide "F" nọchite anya ụmụakwụkwọ ndị gbalitụrụ ntakịrị, ebe mkpụrụedide "P" ga-anọchite anya ụmụakwụkwọ ndịagbalighị nchancha. E jikwa mkpụrụ edemede Igbo zipụta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ. Nwa nchọcha ga-elebazi anya n'ịkọwapụta ihe ndị o nwetara n'aka ụmụakwụkwọ ndị a site na nnwale nta iri ndị a ma daberezie etu ha siri dezite maọbụ dejọọ **na** n'edemede e nyere ha.

**Ntụcha ihe enwetara**

A ga-atụchazi nnwale nta niile a nwa nchọcha nakọtara ụmụakwụkwọ ndị a n'otu n'otu ma kọwapụta ka òkwè si gbaa na tebuul na tebuul iji nweta isi ihe a na-enyocha n'ọrụ

**Tebuul I:** Ndị afọ nke mbụ, mmadụ iri

| | Nwoke/ | "Na" Pụtara | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|



Nchịkọta

Ndeta

| Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ | Nwaanyị | Ihe | | | | | Greedi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| A | Nwaanyị | 72 | 44 | 28 | 72 | 61% | F |
| B | Nwaanyị | 51 | 18 | 33 | 51 | 35.3% | P |
| CH | Nwoke | 16 | 1 | 15 | 16 | 6.25% | P |
| D | Nwaanyị | 14 | 12 | 2 | 14 | 85.7% | E |
| E | Nwoke | 18 | 9 | 9 | 18 | 50% | F |
| F | Nwaanyị | 26 | 12 | 14 | 26 | 46.15% | P |
| G | Nwaanyị | 17 | 5 | 12 | 17 | 29.41% | P |
| GB | Nwaanyị | 15 | 0 | 15 | 15 | 0% | P |
| GH | Nwaanyị | 10 | 6 | 4 | 10 | 60% | F |
| GW | Nwaanyị | 36 | 29 | 7 | 36 | 80.5% | E |

Na tebuul a, a chọpụtara na n’ime ụmụakwụkwọ dị iri n’ọnụọgụ, na ọ bụ naanị mmadụ abụọ mekarịsịrị nke ọma na nnwale nta e nyere ha nke e jiri mkpụrụedide “E” zipụta. Ya bụ, nwaakwụkwọ nwoke nke “D” n’ọnụọgụ bụ onye pasentị ya bụ iri asatọ na ụma asaa (85.7%). Ebe onye gbara onye nke abụọ bụ nwaakwụkwọ nwaanyị nke GW n’ọnụọgụ onye nwetara pasentị iri asatọ na ụma ise (80.5%).N’aka nke ọzọ, sọọsọ ụmụakwụkwọ atọ bụ ndị gbalitụrụ ntakịrịnke e jiri mkpụrụedide “F” zipụta. Ya bụ ụmụakwụkwọ ndị pasentị ha sitere na pasentị iri ise rue na pasentị iri isii na otu (50% -61%). Na nke a, onye mbụ bụ nwaakwụkwọ nke “A” n’ọnụọgụ (nwata nwaanyị), onye nwetara pasentị iri isii na otu (61%), onye nke abụọ bụ nwaakwụkwọ nke “GH” n’ọnụọgụ (nwata nwaanyị), onye nwere pasentị iri isii (60%), ebe onye nke atọ bụ nwata nwoke onye nke E n’ọnụọgụnwetara pasentị iri ise (50%).

N’ikpeazụ, ụmụakwụkwọ ndị mara afọ n’ala dị ise n’ọnụọgụ. Ya bụ ndị pasentị ha sitere n’efu rue na iri anọ na isii na ụma (0%-46.15%). N’ime ụmụakwụkwọ ndị a, otu n’ime ha bụ nwata nwoke ebe anọ ndị ọzọ bụcha ụmụ nwaanyị. Na nnyocha e mere, a chọpụtara na nwata akwụkwọ

nke "G" n'ọnụọgụ (nwata nwaanyị) enwetaghị ọ bụladị ọkara pasentị. Nwata nwoke nke "CH" n'ọnụọgụ nwetara naanị pasentị isii na ụma (6.25%), nwata akwụkwọ nke "G" n'ọnụọgụ (nwata nwaanyị) nwetara pasentị iri abụọ na itolu na ụma (29.41%), ebe onye nwere pasentị iri atọ na ise na ụma (35.3%) bụ nwata nwaanyị nke "B" n'ọnụọgụ.

**Tebuul II:** Ndị afọ nke abụọ, mmadụ iri

| Ọnụọgụụmụakwụkwọ | nwoke/ nwaanyị | "Na" pụtara ihe | Ndeta | ọNdej | ịọNchkta | Pasenteeji | Greedi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| A | Nwaanyị | 14 | 3 | 11 | 14 | 21.43% | P |
| B | Nwaanyị | 49 | 10 | 39 | 49 | 20.41% | P |
| CH | Nwaanyị | 41 | 39 | 2 | 41 | 95.12% | E |
| D | Nwoke | 20 | 14 | 6 | 20 | 70% | E |
| E | Nwaanyị | 22 | 5 | 17 | 22 | 22.73% | P |
| F | Nwaanyị | 17 | 5 | 12 | 17 | 29.41% | P |
| G | Nwaanyị | 31 | 11 | 20 | 31 | 35.48% | P |
| GB | Nwaanyị | 34 | 16 | 18 | 34 | 47.06% | P |
| GH | Nwaanyị | 19 | 3 | 16 | 19 | 15.79% | P |
| GW | Nwaanyị | 10 | 3 | 7 | 10 | 30% | P |

A chọpụtara na n'ime ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị iri, ọ bụ naanị mmadụ abụọ gbalịrị karịsịa bụ ndị pasentị ha gbagotere nke ọma site na pasentị iri asaa rue iri itolu na ise na ụma (70%-95.12%). N'ime ụmụakwụkwọ abụọ ndị a kacha mee nke ọma, onye nke mbụ bụ nwata nwaanyị onye nke "CH" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, pasentị iri itolu na ise na

ụma (95.12%) ka o nwetara na nnwale nta ha mere. Ebe onye nke "B" bụ nwata nwoke onye pasentị ya bụ iri asaa (70%) onye nke "D" n'ọnụọgụ.

N'ikpeazụ, n'ime ụmụakwụkwọ iri ndị a, asatọ n'ime ha emeghị nke ọma. Ndị a niile bụcha ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị. E wezuga onye nke "GB" n'ọnụọgụ, onye nwetara pasentị iri anọ na asaa na ụma (47.06%), asaa ndị fọdụrụnụ machara afọ n'ala.

**Tebuul III:** Ndị afọ nke atọ, mmadụ iri atọ

| Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ | nwoke/ nwaanyị | "Na" Pụtara Ihe | Ndeta | ọNdej | ị ọNchkta | Pasenteeji | Greedi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| A | Nwaanyị | 34 | 32 | 2 | 34 | 94.12% | E |
| B | Nwaanyị | 36 | 32 | 4 | 36 | 88.89% | E |
| CH | Nwaanyị | 33 | 26 | 7 | 33 | 78.79% | E |
| D | Nwaanyị | 45 | 31 | 14 | 45 | 68.89% | F |
| E | Nwaanyị | 35 | 8 | 27 | 35 | 22.86% | P |
| F | Nwaanyị | 52 | 51 | 1 | 52 | 98.8% | E |
| G | Nwaanyị | 40 | 12 | 28 | 40 | 3% | P |
| GB | Nwaanyị | 44 | 26 | 18 | 44 | 63.41% | F |
| GH | Nwaanyị | 39 | 17 | 22 | 39 | 43.59% | P |
| GW | Nwaanyị | 39 | 25 | 14 | 39 | 64.10% | F |
| H | Nwaanyị | 43 | 23 | 20 | 43 | 53.49% | F |
| I | Nwaanyị | 33 | 11 | 22 | 33 | 33.33% | P |
| Ị | Nwaanyị | 22 | 11 | 11 | 22 | 50% | F |

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| J | Nwoke | 37 | 9 | 28 | 37 | 24.32% | P |
| K | Nwaanyị | 51 | 22 | 29 | 51 | 43.14% | P |
| KP | Nwaanyị | 43 | 15 | 28 | 43 | 34.88% | P |
| KW | Nwoke | 39 | 35 | 4 | 39 | 89.74% | E |
| L | Nwaanyị | 27 | 21 | 6 | 27 | 77.78% | E |
| M | Nwaanyị | 29 | 21 | 8 | 29 | 72.41% | E |
| N | Nwaanyị | 25 | 11 | 14 | 25 | 44% | P |
| Ṅ | Nwaanyị | 57 | 24 | 33 | 57 | 42.10% | P |
| NW | Nwaanyị | 37 | 16 | 21 | 37 | 43.24% | P |
| NY | Nwaanyị | 76 | 69 | 7 | 76 | 90.79% | E |
| O | Nwaanyị | 31 | 8 | 23 | 31 | 25.80% | P |
| Ọ | Nwaanyị | 43 | 32 | 11 | 43 | 74.42% | E |
| P | Nwaanyị | 31 | 25 | 6 | 31 | 80.65% | E |
| R | Nwaanyị | 43 | 40 | 3 | 43 | 93.02% | E |
| S | Nwaanyị | 32 | 23 | 9 | 32 | 71.88% | E |
| SH | Nwaanyị | 64 | 49 | 15 | 64 | 76.56% | E |
| T | Nwaanyị | 33 | 25 | 8 | 33 | 75.76% | E |

Na tebuul a, a chọpụtala na n'ime ụmụakwụkwọ iri atọ ndị a, iri na anọ gbara ezi mbọ ndị pasentị ha sitere n'iri asaa na otu na ụma rue na iri itolu na asatọ na ụma (71.88%-98.8%). N'ime ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị iri na anọ, ndị mejupụtara ha gụnyere otu nwoke na ụmụnwaanyị iri na atọ. Ụmụakwụkwọ ndị a bụ onye “A”, onye “B”, onye “CH”, onye “F”, onye “KW”, onye “Ọ”, onye “P”, onye “R”, onye “S”, onye “SH” na onye “T” n'ọnụọgụ.

Ọzọkwa, naanị ụmụakwụkwọ ise bụ ndị gbalịtụrụ ntakịrị na nnyocha e mere. ụmụakwụkwọ ndị a bụ ndị nwere malite na pasentị iri ise rue na iri isii na asatọ na ụma (50%-68.89%). Ha dum bụcha ụmụnwaanyị. Onye pasentị ya kacha dị elu bụ nwa akwụkwọ nke “D” n'ọnụọgụ

ụmụakwụkwọ onye nwetara pasentị iri isii na asatọ na ụma (68.89%). Onye ọzọ na-esote bụ nwa akwụkwọ nke "GW" n'ọnụọgụ, onye nwetara pasentị iri isii na anọ na ụma (64.10%). Onye ọzọ na-esote bụ nwa akwụkwọ nke "GB" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwere pasentị iri isii na atọ na ụma (63.41%). Onye ọzọ bụ nwa akwụkwọ nke "H" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwere pasentị iri ise na atọ na ụma (53.49%). Ebe onye nke ikpeazụ bụ nwa akwụkwọ nke "Ị" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwetara pasentị iri ise (50%).

N'ikpeazụ, ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị iri na otu emeghị nke ọma na nnwale nta ahụ. Ya bụ ndị pasentị ha malitere n'iri abụọ na abụọ na ụma rue na iri anọ na anọ (22.86% -44%). N'ime ụmụakwụkwọ iri na otu ndị a emechaghị nke ọma, onye nke kụrụ afọ n'ala karịsịa bụ nwa akwụkwọ nke "E" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwere pasentị iri abụọ na abụọ na ụma (22.86%). Onye na-eso ya bụ nwa akwụkwọ nke "J" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwere pasentị iri abụọ na anọ na ụma (24.32%), onye na-eso ya bụ nwa akwụkwọ nke "O" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwere pasentị iri abụọ na ise na ụma (25.80%). Onye na-eso ya bụ nwaakwụkwọ nke "G" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwere pasentị iri atọ (30%). Nwaakwụkwọ nke "I" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ na-eso, o nwere pasentị iri atọ na atọ na ụma (33.33%). Onye na-eso ya bụ nwa akwụkwọ nke "KP" n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ, o nwere pasentị iri atọ na anọ na ụma (34.88%). Ọzọkwa, ụmụakwụkwọ ise ndị a fọdụrụnụ bụ ndị pasentị ha malitere n'iri anọ na abụọ na ụma rue n'iri anọ na anọ. (42.10%-44%). Ha bụ ndị ọnụọgụ ha bụ "Ṅ", "K", "NW", "GH" na "N".

Nchọpụta e nwetere na nchọcha e mere gosipụtara na ọ bụ mgbe 'na' na-arụ ọrụ dịka mbuụzọ na nnyemakangwaa ka ụmụakwụkwọ ndị a kacha edejọ. Ha gbalịtụrụ n'ọrụ 'na' dịka njikọ karịsịa. Ọzọ bụ na ihe nwere ike ibute ndị NCE I jiri mee nke ọma na nnwale ahụ bụ ntọala maọbụ agalaba n'ebe ha gụrụ akwụkwọ sekọndịrị ha dị iche iche, tinyere nleru anya. O nwekwara ike bụrụ ekere Chi ha. Ebe ọ bụ na ụbụrụ mmadụ niile ahaghị otu. Ọzọ bụkwa akaraka. Ọ bụghị iwu na onye ọ bụla ga-agụ akwụkwọ. Ọ dị ụzọ atọ kacha pụta ihe e si ede **na** n'asụsụ Igbo. Ụzọ atọ ndị a bụ:

n' m[redacted] [redacted]**a** na-arụ ọrụ dịka mbuụzọ.
na m[redacted] [redacted]**a** na-arụ ọrụ dịka njikọ
na- [redacted]**na**[redacted]na-arụ ọrụ dịka nnyemakangwaa.

**5.1 Nchịkọta nchọpụtagasị**

A ga-achịkọtazi ihe dum a chọpụtara banyere isiokwu a n'aka ndị e jiri mee nchọcha. A ga-atụkwa aro n'ihe a ga-eme ka nsogbu ndejọ **na** n'ebe ụmụakwụkwọ ndị a nọ belata.

**Tebuul IV**

| Mpụtara ule | NCE I | NCE II | NCE III | Mpụtara |
|---|---|---|---|---|
| Mekarịsịrị nke ọma | 2 | 2 | 14 | 18 |
| Mgbalịtụ | 3 | 0 | 6 | 9 |
| Agbalịchaghị na ndị mara afọ n'ala | 5 | 8 | 10 | 23 |
| Nchịkọtaọnụọgụ | 10 | 10 | 30 | 50 |

Na tebuul a, a chịkọtaziri ihe dum a chọpụtara na tebuul I, tebuul II na tebuul III ọnụ ma nweta isi ihe a na-enyocha. E nyochaala nsogbu nchọcha a n'ezie nke bụ oke ndejọ banyere odide **na** n'ebe ụmụakwụkwọ ndị a nọgasị ma chọpụta na ọ bụ ndị NCE II kacha edejọ **na** n'ụtọasụsụ Igbo site na nnyocha e mere. Ọ bụ sọọsọ ụmụakwụkwọ abụọ detara ihe a tụrụ anya na mpụtara ule 'ndị mekarịsịrị nke ọma'. Ma mpụtara ule ndị gbalịtụrụnụ, o nweghị onye a hụrụ ma ọlị, ebe mpụtara ule ndị agbalịchaghị na ndị mara afọ n'ala bụ asatọ ka ha dị. A gbakọtara ihe dum ha nwetara ọ pụta itolu
(9).Ọzọkwa, a chịkọtara ihe dum e nwetara ọnụ n'ebe ndị NCE I nọ dịka mpụtara ule 'E' (Excellent), e nwetara naanị ụmụakwụkwọ abụọ, na mpụtara ule 'F' (Fair) ha dị ụmụakwụkwọ atọ ebe mpụtara ule 'P' (Poor) ụmụakwụkwọ ise ka e nwetara. A gbakọtara ihe dum ha nwetara ọ pụta iri na asatọ (18). A gbọkatara ihe dum NCE I, NCE II na NCE III nwetara na greedi 'E', ọ pụta iri na asatọ.

N'ikpeazụ, a chọpụtara na ọ bụ ndị nọ n'afọ nke ikpeazụ NCE III mekarịsịrị nke ọma dịka òkwè sigbaa na nnyocha a. A bịa na mpụtara ule 'ndị mekarịsịrị nke ọma, e nwetara ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị iri na anọ. Na mpụtara ule ndị gbalịtụrụ, ha dị isii n'ọnụọgụ, ebe mpụtara ule ndị agbalịchaghị na ndị mara afọ n'ala nọ, ha dịkwa iri n'ọnụọgụ. A gbakọtara ha dum nke mpụtara ya bụ iri abụọ na atọ (23).

**5.2 Mmechi**

Nwa nchọcha mejupụtara ebumnuche ya bụ ndejọ **na** n'ụtọasụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ ndị a nọ site na ntụchasị e mere n'ezie. Ntụchasị a gbara akaebe n'isiokwu nwa nchọcha họọrọ dịka nsogbu nchọcha. A chọpụtara na nsogbu ụmụakwụkwọ ndị a akarịghị nleghara anya, ndụ agwa
ọ gbasaghị m, e jighị nka edemede kpọrọ ihe ọ bụla tinyere ibu n'uche na odide asụsụ Igbo na-ara ahụ n'ihi kpọm na rịkọm jupụtara na ya mere ha ji ahụta ya dịka ihe tara óké ákpụ.

**Aro**

Nwa nchọcha na-atụ aro ka ndị nkụzi Igbo niile, malite n'ọtaakara rue n'ogo dị elu jisie ike wepụta ohere dị mma maka nkuzi ụtọasụsụ Igbo, bụ ebe odide **na** na-apụtakarị ìhè, karịa ịdị na-akụziri ha sọọsọ agụmagụ na omenala. Ụmụakwụkwọ n'aka nke ha ga-ejisi ike leruo anya ala ma tinyekwuo uchu n'ihe gbasara ọrụ dịgasị iche iche **na** na-arụ n'ahịrịokwu karịa ịdị na-edejọ ya mgbe niile dịka nnyocha e mere siri dị. Ọzọ bụ na ndị gọọmentị tosịrị ịdị na-ahaziri ụmụakwụkwọ ndị a edemede ekereuche kwamgbe kwamgbe n'ụdị asọmpi site n'oge rue n'oge ma nye ndị mere nke ọma ihe nrite, nke a ga-eme ka ha nwekwuo mmụọ ịnụ ọkụ n'obi gbasara edemede n'Igbo. Ebe ọ bụ na **na** na-apụtakarị ihe n'ihe ọ bụla a kpọrọ edemede, a ga-ejisi ike mata usoro **na** dịka ịma ụzọ dị iche iche e si ede ya.

Ndị nkuzi Igbo nọgasị na Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị dị elu, ọ kachasị na Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks, Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere, ga-ejisi ike na-enyobanye anya n'ime akwụkwọ ụmụakwụkwọ ndị a na klaasị, oge ha na-akpọpụtara ha nootu iji chọpụta ebe ha dejọrọ odide **na** nakwa iji mata ebe ha deziri ya nke ọma. N'ime etu a, ọ ga-enye aka n'ịgbazi ụmụaka ndị a olu n'ebe ndị ahụ ha dejọrọ ozugbo n'atụfughị oge ọ bụla.

Ọzọ bụ na ndị nkuzi ndị a ga-agbalị na-enye ụmụakwụkwọ ndị a nchọcha n'isiokwu ya bụ ọrụ dị iche iche **na** na-arụgasị n'ahịrịokwu Igbo, n'ime etu a, ọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ ndị a mụtakwuo ka e si ede **na** nke ọma.Ọ dịkwa mkpa ikwupụta na ndị nkuzi Igbo ga na-ewepụta ihe dịka nkeji ise n'ọmụmụ kọọsụ ọ bụla iji rụtụrụ ụmụaka ndị a aka n'ọrụ dị iche iche **na** na-arụ n'ahịrịokwu. Ụmụakwụkwọ n'aka nke ha tosịkwara ige ntị nke ọma n'ihe onye nkuzi na-akọwa gbasara odide **na** nakwa ọrụ dị iche iche ọ na-arụ ma tinyesịa ha n'ọrụ karịa ịdị na-edejọ ya mgbe ọ bụla.

Ndị na-arụ kọmputa ga-ejisi ike tinyesịa ọchọpụta ndejọ mkpụrụokwu Igbo dum na kọmputa, ka ọ ga-abụ ụmụakwụkwọ ndị a na-akụpụta ederede Igbo, o nwee ebe ha kụpụtajọrọ **na** dịka ọrụ ha na-arụgasị n'ahịrịokwu siri dị, ọ ga-ezipụta ya ozugbo site n'ịkanye ya akara ọbara ọbara dịka o si eme n'asụsụ Bekee. Ebe ọ bụ na a mata aha ọrịa e nye ya ọgwụ ya na ya so. Igbo na-asị na onye zobe ọrịa, ọrịa egbue ya. Ka anyị na-egosipụta ihe ụfọdụ anyị amaghị ka onye ka anyị mara kụziere anyị ka anyị mụta. Ọ bụrụ ma e tinyesịa ntụziaka ndị a nwa nchọcha nyere n'ederede a n'ọrụ, odide **na** agaghị abụzi ihe nramahụ nye onye ọ bụla na-amụ asụsụ Igbo. Nchọcha a kwenyere na onye na-eme nchọcha, ọ na-amụta karịa ka ọma na mbụ.

**Edensibịa**

Akidi, F.C. (2016). "Error analysis". Na Mbah,B.M. (ọhz.) *Theories of linguistics*. Enugu: University of Nigeria press.

Anedo, O.A.A. (2014). *Ndehie n'ide asụs ụ Igbo na ụ fọdụ ihe ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo*. Awka: Besing books multipurpose publications.

Apakama, L.M. (2002). Introduction to Igbo parts of speech. Na*Nigerian languages for colleges of education*. Owerri: Cajec publishers . ihu 8-19.

Echebima, G. (2013). *A textbook of Igbo grammar*. Owerri: Assumpta press.

Emenanjọ, E.N. (1991). *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo izugbe maka sekọndịrị.* Lagos: Longman Nigeria plc.

Emenanjọ, E.N. (2010). "The expression of prepositional notions in Igbo". Na Uchechukwu, C&Mbah, B.M. (ọhz.) *Igbo language studies series I.The preposition in Igbo*. Onitsha: Edumail publication. ihu 5-13.

Etherton, A.R.B. (1976). "Error Analysis: problems and procedures". *English language teaching journal. Vol. 31-32*; ihu 69-74.

Egeọnụ, N.G. (2015). "A referential theory of meaning". Na Mbah, B.M. (ọhz.). *Theories of linguistics*. Enugu: University press.

Eyisi, J. (2006). *Grammar of English: The student's companion*. Anambra: Rex Charles publications.

Ezema, T.O (2012). *Nkuzi ụdaasụsụ Igbo*. Lagos: Unique press.

Ezeomeke, S.O. (2011). *Igodo nghọta ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Easy – quality press.

Hornby, A.S. (2015). *Oxford advanced learners dictionary of current English (9th ed)*. London: Oxford university press.

Ike, N.J. (2007). *Applied linguistics*. Abuja: Wilbest educational publishers.

Ilechukwu, D.I. (2016). "Nganusoro n'asụsụ Igbo" Akwụkwọ ngụpụta PhD e dere na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa, Fakọlti keatị Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Izuagba, A.C. (1998). “Error analysis: A realistic approach to second language teaching and learning”.N’Ikediashi, A.E & Anyanwu, S.U.(ọhz.). *Fundamentals of teaching and learning methodology*. Owerri: Capes publishers.

Mbah, B.M.& Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Enugu: University of Nigeria press.

Mbah, B.M. (2010). “Category incorporated preposition in Igbo”. N’Uchechukwu, C&Mbah, B.M. (ọhz). *Igbo language studies series I*. *The preposition in Igbo*. Onitsha: Edumail publication. ihu 26-45.

Mbah, B.M. (2017). Nkuzi o nyere ndị PhD na ngalaba amụmamụ Igbo, Afrịka naEshịa, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Mbah, B.M. na ndị ọzọ (2013). *Igbo adịIgbo-English English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms*. Enugu: University of Nigeria press.

Ọfọmata, C.E. (2013). *Ndezu ụtọasụ sụ Igbo*. *Usoro nkuzi na ọmụmụ nke UBE nke ndị juniọ sekọndịrị*. Enugu: Format publishers.

Okeke, C.O. (2010). “Lexicographic problems of the Igbo preposition”. N’Uchechukwu, C& Mbah, B.M. (ọhz.). *Igbo language studies series I.The preposition in Igbo*. Onitsha: Edumail publication. ihu 66-87.

Okoro, L.C. (2011). *Mkpanaka onyekuzi*. Owerri: Ark publishers.

Okafọ, C.U & Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi asụsụ Igbo maka ule siniọ sekọndịrị na kọleji, W.A.S.S.C.E, N.E.C.O, G.C.E, J.A.M.B.* Onitsha: A.C. global publishers.

Saeed, J.I. (2006). *Semantics*. Oxford: Blackwell publishing.

Uchechukwu, P.A. (2010). “The realizations of the Spanish preposition ‘a’ in Igbo”. N’Uchechukwu, C&Mbah, B.M (ọhz.) *The preposition in Igbo*. Onitsha: Edumail publication. ihu 124-135.

Ume, I.A.O., Ugoji, J.U & Dike, G.A. (2006). *Umị nkọwa ụtọasụsụ Igbo*. Owerri: Ark publishers.

# OSISI NKWỤ : NGWAA NA AHA NDỊ GBASARA YA

**Felista Chidị Akịdị**
**E-mail: felistachidi@gmail.com**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri, Naịjirịa**

**Chiọma RoseMary Ayọzie**
**E-mail: ayoziechioma2014@gmail.com**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri, Naịjirịa**

**Andrew Chukwuemeka Mgborogwu**
**E-mail: andymgborogwu@gmail.com**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri, Naịjirịa**

**&**
**Grace Ngozi Amajioyi**
**E-mail: ngmajoy@gmail.com**
**Imo State College of Education, Ihitte Uboma, Naịjirịa**

## Ụmịedemede

N'ihi oke mmepe na nnabata nkanụụzụ n'ime omenaala Igbo, ọ na-adịzị ka a na-eleghara nkwụ anya. E chefuru na ndị Igbo chọpụtara uru nkwụ bara site na mbụ. Ndị Igbo chọpụtara ihe ọma na uru niile gbasara nkwụ tupu nkanụụzụ ọlọrọọhụrụ. E chefuru na site na nkwụ, e nwere ike inweta ọrụ, ego, ihe oriri, ọgwụ na ihe ndị e ji arụpụta ihe ndị ọzọ bara uru. Nleghara anya a na-eleghara nkwụ mere na ọ dịzi ka ụfọdụ ihe gbasara nkwụ enweghị aha maọbụ ngwaa e ji ezipụta ha n'Igbo. Nsogbu a bụ ihe kpalitere nchọcha a. Mbunuuche nchọcha a bụ ịkọwapụta uru si na nkwụ, idepụta

ngwaa na aha ihe gbasara nkwụ, iji ngwaa ndị a mee ahịrịokwu na ịkọwa aha ndị e depụtara gbasara nkwụ. A chọputara na ihe niile gbasara nkwụ nwere mkpụrụokwu e ji ya ekwu n'ihina ndị Igbo bidoro na gboo chọpụta nkwụ na uru ya niile. A tụrụ alo ka agbụrụ na-amachaghị ihe gbasara nkwụ mụrụ n'aka ndị Igbo ihe gbasara nkwụ ma sitekwa n'aka ndị Igbo biri okwu gbasara nkwụ iji mejuo nke ha.

**Mkpọlite**

Mmepe anya na ihe ọhụrụ nkanụụzụ wetara meziri ọ dịka ndị Igbo ha nọ nkịtị tupu ihe ọhụrụ ndị a abịa. Ilechukwu (2017) kọwara na nso a ihe ọhụrụ si n'ọganihu nke nkanụụzụ n'ihe gbasara imepụta mmanụ nri na-enwetakwu okwu Bekee nke adịbughị n'Igbo, na-eweta nsogbu na nzirita ozi. Dịka nkwụ na ihe niile gbasara ya bidoro na gboo n'ala Igbo, ihe niile gbasara nkwụ na mmepụta ya nwere aha na ngwaa e ji ezipụta ya n'ihi na ọ dị n'omenala Igbo. Nsogbu e nwere bụ na ndị ntorobịa anaghị elenye anya n'ihe gbasara nkwụ. Nke a nwere ike ime na ọ bụrụ na a chọọ ndị okenye maara maka ihe niile gbasara nkwụ achọọ, aha na ngwaa gbasara ya ga-anwù ma fuo. Igbochi nke a so n'otu ihe e ji lebawa anya na nchọcha a.

E nwere osisi dị iche iche n'ụwa niile. Ụfọdụ osisi ka a na-enweta so ọgwụ, ụfọdụ ka a na-enweta so ego, ụfọdụ ka a na-enweta sọ nri, ụfọdụ ka a na -enweta ihe e ji arụpụta ihe ndị ọzọ. Ụfọdụ osisi, e nwere ike inweta ha ego na ọgwụ, ego na ihe oriri, ogwu na ihe oriri, ihe e ji arụpụta ihe ndị ọzọ na ego dg. E nwere ike inweta ihe ndị a site na sọ mkpụrụ ha, akwụkwọ ha maọbụ ogwe ha. Mana osisi a bụ nkwụ site na ọmụ ya ruo na mgbọrọgwụ ya bachara uru. Ezeuko (1986:8) kwuru na osisi a bụ nkwụ baara ndị mmadụ uru n'ụdị ọbụla.

Nkwụ so n'osisi kacha ibe ya baa uru n'ala Igbo. E ji ọtụtụ ihe si na nkwu eme omenala dị mkpa ndị Igbo na-eme; ọmụmaatụ: ọmụ nkwu ka a na-etinye n'ala a na-azọazo, ụgbọ bu ozu, e ji ọmụ egosi na arụ mere, e ji ọmụ achụ aja, e ji ọmụ egosi na a chọrọ ire ihe ere dg. Obodo dị iche nwere osisi ma ha amaghị uru ọ bara. Ụfọdụ obodo nwere osisi ụkwa ma ha amaghị na ọ bụ ihe oriri ma ya fọdụzia ka e si apịchapụta ya ọ ghọọ ihe oriri maọbụ ree ya nweta ego. Ụfọdụ nwere osisi ọgbọnọ ma ha amaghị ka e si emezi ya ka ọ ghọọ ihe oriri.

N'otu aka ahụ ka nkwụ si epu ọtụtụ ebe n'ụwa niile mana ụfọdụ ndị ọ na-epu be ha amaghị ka e si emezi ya wee nweta uru jupụtara na ya. Nkwụ so n'otu n'ime osisi Chineke ji gọzie ndị Igbo. Nkwụ enweghị ebe ọ na-ahọ ipu. Ọtụtụ mgbe, a naghị akụ ya akụ; mgbe ụfọdụ ọ na-epuru onwe ya. E nwere ike ịbụrụ ya dọọ ebe ọzọ a chọrọ ka ọ nọrọ too. Nkwụ na-etoro onwe ya ogologo. Ọ naghị agba nkala. Nkwụ achọghị oke agbụgbọ iji too maọbụ buo. Ihe nkwụ chọrọ bụ igbucha ya egbucha site n'oge ruo na oge. Nke a na-enye aka ka ọ fụọ ogbe nke ọma.

Nkwụ baara onye Igbo ọbụla uru n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ. O nweghị onye ga- akọwali mgbe ndị Igbo ji chọpụta uru nkwụ bara. A ghọtara na o tego ezigbo aka ndị Igbo ji chọpụta nkwụ na uru jupụtara na ya. Ihe niile a na-eme na nkwụ na ihe niile e ji nkwụ eme nwere aha n'Igbo;o nweghị nke e si mba ọzọ weta aha ya. Ọ gwụchaala maọbụ ihe gbasara igwe ọlọrọọhụrụ e ji eme ihe gbasara mmanụ na etu e si eji ya emepụta mmanụ nri bụ ihe ndị enweghị aha ntọala n'asụsụ Igbo.

Ihe niile gbasara nkwụ na uru dị na ya nwere aha na ngwaa e ji akọwa ha. Ọrụ, ọgwụ, nri, ego na ihe ndị si na nkwụ e ji arụpụta ihe ndị ọzọ nwechara aha na ngwaa e ji akọwa ha. Nke enweghị aha n'Igbo izugbe nwere n'olundị dị iche iche e nwere n'Igbo. Ndị nchọcha a chọrọ ileba anya n'aha na ngwaa ndị pụtara ihe na nkwụ na ngwaa ndị e ji akọwa ihe niile gbasara nkwụ ma ego, nri, ọgwụ, ọrụ na ngwa ọrụ si na nkwụ e ji emepụta ihe ndị ọzọ. Nke a ga-enye aka ka aha niile gbasara nkwụ ghara ifu maọbụ nwụọ ka ụwa na-emepe anya na-aga, ọzọkwa, ka a ghara ịchọ ngwaa e ji ekwu maka ihe ndị gbasara nkwụ achọ. Ngwaa ndị a ga-enyekwa aka a mara etu e si eme ahịrịokwu gbasara nkwụ. Ihe gbasara nkwụ ndị e enwetachaghị n'Igbo izugbe a ga-esi n'olundị weta ha.

**Ihe gbasara nkwụ**

Nkwụ bụ osisi bara nnukwu uru n'ala Igbo. Ọ dịghị ihe dị n'ahụ ya na-ala n'iyi (Ubesie 1979). Nkwụ na-etoro ogologo na-aga. A na-egbutu igbogiri ya, ọ na-eto. Nkwụ, anaghị egbutu igbogiri ya na-etokwa mana o bido mịwa ogbe, mkpụrụ ya na-ala n'iyi, e nweghị etu a ga -esi gbutu ogbe akwụ ya n'ihi igbogiri nọchiri ya karịrị akarị. Nkwụ nwere ike ibido n'afọ atọ mịwa ogbe. Nkwụ nwere ike ịnọ afọ iri atọ tupu ọ ghọọ egbelegbe. N'oge di etu a, e nwere ike igbutu ya n'ihina o nwere ike iji aka ya gbajie maọbụ daa. Nkwụ anaghị enwe ngalaba maọbụ nkala. Nkala ọ na-enwe bụ igu ya. Site n'ọmụ nkwụ ruo na mgbọrọgwụ ya bara uru. Ọmụ nkwụ ka e ji eke ngwugwu, e ji ya agọ mmụọ, e ji ya achụ aja, a na -amanye ya n'ụgbọala bu ozu iji gosi na ọ bụ ozu mmadụ ka e bu, e ji ya eme omenaala mmanwụ, e ji ya egosi ebe arụ mere dịka nwanne igbu nwanne ya, nwanne ịtụwa nwanne ya ime, nna ịtụwa nwa ya ime. A na-eji ọmụ egosi oge a chọrọ udo ma e nwee agha n'etiti obodo na ibe ya. A na-edowe ọmụ n'ezi onye nwụrụ anwụ iji gbochie ndị mgbaru (Igbokwe, 2012).

A na-esite n'igu nkwụ enweta azịza, igu ewu tara ka e si enweta akpata e ji aza ezi. E si na igu nkwụ enweta akịrịka e ji arụ njaka, ọgụgụ e ji ama ji, eriri e ji akpa nkata, nkụ e ji afụ ọkụ dg. Igbogiri bụ ebe igu si epunye na nkwụ. Igbogiri bụ ebe ogwu nkwụ na-adị. E ji ma Igbogiri ma ogugu afụ ọkụ. Ogwu e nwetara n'igbogiri ka e ji aghụ eju, e jikwa ya ewepụ ogwu manyere mmadụ n'ahụ.

A na-esi na nkwụ enweta anụmanụ dị iche iche a na-eri eri. Anụmanụ ndị a ka a na-eche na ha bụkwa ọgwụ. Anụmanụ ndị a gụnyere:

akpa nkwụ, ọṅụ mmanya, ebe, ịkụkọrọ, eruru dg. Ogbe akwụ bụzi ebe uru dị na nkwụ gwụrụ. N'ogbe akwụ ka e si enweta mkpụrụ akwụ, aghịrịgha, ishishi ogbe akwụ dg. Akwụ ka a na-asụ tụọ ya wepụta akị na abịrịbọ. Abịrịbọ ka a na-eghe maọbụ sie, sipụta mmanụ. A paa abịrịbọ mgbe ọ dị ọkụ,a na-apapụta mmanụ buru ibu karịa ịpa ya mgbe ọ jụrụ oyi. Ụmụ kịrịkịrị akịrịka fọrọ ka a papụtachara mmanụ ka a na-akpọ upurutu. Upurutu ka a na-agwakọ ya na abịrịbọ wee kpụọ ogbenyedịmbụ e ji amụ ọkụ e ji ahụ ụzọ n'abalị, e jikwa ya na-achọ ejule n'abalị.

Mmanụ e nwetara n'akwụ ka a na-eji eri ji, agwọ jiakpụ, agwọ ji, ete ofe na nri ndị ọzọ dị iche iche. A ga-ahọta ahọta nri ndị a naghị eji mmanụ nri esi. A na-ete mmanụ nri n'etito ka o wee ruruo gbaa abụ ọsọọsọ, a na-aracha mmanụ maka ụkwara. A na-ere mmanụ were enweta ego.

Akị nkwu ka a na-eti were ya taa jiakpụ, ụkwa, garị, akara jiakpụ dg., ha wee buru ezigbo ihe oriri na-eju afọ. A na-eji akị emepụta ude akị e ji agwọ ụkwara, ihe mkpatụ; ihe ize; dike ukwu. E ji afịrịfị fọdụrụ n'akị azụ anụmanụ. E sikwa n'akị esipụta mmanụ e ji eghe ihe, esi osikapa dg.

Aghịrịgha nkwụ ka a na-akpọ ọkụ wee nweta ngụ e ji agba ncha e ji agwọ ihe dịka, ji, jiakpụ, ede, akịdị, agwa, ndudu dg. E jikwa ngụ na mmanụ esipụta ncha nkọta. Osisi nkwụ maọbụ ogwe nkwụ ka a na-awa were arụ ulo, akụ gbamgbam, e ji ogwe nkwụ egbochi idiyi, dg. A na-erekwa osisi nkwụ ere wee nweta ego. A na-agba osisi nkwụ ibe wee nara ego.

A na-esi na nkwụ enweta ezigbo mmanya e ji eme ụfọdụ omenaala n'ala Igbo. Mmanya nkwụ bụ isi sekpụ ntị e ji eme omenaala alụmdi na nwunye. Nkwụ dị ụzọ abụọ; nkwu nkịtị na nkwu ojukwu. Nkwụ nkịtị bụ nke mkpụrụ akwụ ya na-acha mmeemmee. Mgbe ụfọdụ, ahụ ya na-acha mmeemmee ebe ọnụ ya na -eji oji. Akwụ ojukwu bụ ndị ahụ mkpụrụ ha niile na-acha edoedo, mgbe ọ kana-acha acha, ahụ ya na-acha edoedo, ọnụ ya na-acha akwụkwọndụ akwụkwọndụ. A bịazie ma n'akwụ nkịtị ma na nke ojukwu, e nwere mkpụrụ ha ndị na-agba okpotokpo a na-akpọ okporoko, nke mkpụrụ akị ya na-ebu ibu maọbu gbaa okpokoro. E nwere mkpụrụ akwụ a na-akpọ ọsụkwụ. Ụdị mkpụrụ akwụ a, akị ya na-epe mpe ebe oke uru na-adị n'ahụ ya. Ma ọkpọrọkọ ma ọsụkwụ na-agba mmanụ mana ọsụkwụ na-agbakarị mmanụ karịa ọkpọrọkọ. E nwekwara mkpụrụ akwụ nke a na-akpọ ajasa. Nke a anaghị agba mmanụ. Ụmụ kịrịkịrị mkpụrụ akwụ a na-enweta n'akwụ ka a na-akpọ ishida akwụ.

**Ọrụ nkwụ na-enye**

Nkwụ bụ osisi nwere ike inye mmadụ ọrụ n'ụzọ dị iche iche. Mmadụ nwere ike inye onwe ya ọrụ sitere na nkwụ. Mmadụ nwere ike iji igbu akwụ, ite nkwụ, ire mmanya nkwụ, isipụta mmanya ọkụ maọbụ kaịkaị

mere aka ọrụ. Ịsụ akwụ bụ nnukwu ọrụ ọzọ nkwụ na-enye. Mmadụ nwere ike na-asụrụ onwe ya akwụ ma na-ere ihe ndị ọ sụpụtara na akwụ.

E nwere ndị aka ọrụ ha bụ ịtụakị maọbụ iyọ akị. Ya bụ ịhọpụta akị site n'abịrịbọ. Ọtụtụ mgbe, a na-ego ha ego ha rụchaa ọrụ a kwụọ ha ụgwọ. Ibute akwụ n'ukwu nkwu site n'ime ọhịa, buga ya ebe a ga-aga eghe ya, kpaa ya maọbụ nwuo ya, ihe ndị a bụgasị ezigbo ọrụ. Izi azịza, ịkwụ azịza na ire ya bụkwa nnukwute ọrụ nkwụ na-enye. Ịwa osisi nkwụ bụ aka ọrụ nkwụ na-enye. A na-eji osisi nkwụ a wara awa arụ ụlọ ọ kacha nkwụ a na-akpọ nkwụ oji n'ihina ọ na-esi ike nke ọma. A na-awakwa osisi nkwụ maka iji ya anya ọkụ maọbụ afụ ọkụ; ya bụ a na-eji nkụ nkwụ afụ okụ.

Aka ọrụ mmadụ nwere ike ịbụ ịzụ ahịa akwụ. A na-akpọ onye aka ọrụ ya bụ ịzụ ahịa akwụ maọbụ mkpụrụ nkwụ onye egbughaa. Ọrụ onye egbughaa bụ ịzụrụ mkpụrụ akwụ site n'aka ndị nwere nkwụ maọbụ ndị buru ya bịa ahịa ma regharịa, resị ya ndị ga-azụ ya maka ịsụ ya. Ịkpa akị bụkwa ọrụ ọzọ nkwụ na-enye. Ọtụtụ ndị mmadụ ji ịkpa akị na iti akị mere ọrụ ha ji eri nri werekwa na-azụ ụmụ ha. Ndị dị etu a na-agagharị n'ukwu nkwụ na-achọ akị. Ha kpatachaa akị, ha etie ya, ree were gboo mkpa. Ụfọdụ na-aga na be ndị sụrụ akwụ zụrụ akị, tie, ree wee nweta ezigbo ego.

E nwere ndị aka ọrụ ha bụ ichekwa mmanụ afọ ọbụla. Ndị dị etu a na-azụrụ mmanụ n'oge a sụpụtara mmanụ n'uju; ihe dị ka site n'ọnwa nke mbụ n'afọ ruo n'ọnwa nke ise na isii (Mee na Juun). Mgbe dị etu a, mmanụ na-eju eju ma dịkwa ọnụ ala. N'oge dị etu a, ka akwụ ji achata nke ọma. Mgbe mmanụ bidoro dawa ọnụ, a na-ereta mmanụ ezigbo ego. Ọrụ nkwụ na-enye karịrị akarị. Ịrụ ọrụ gbasara nkwụ anaghị ara ahụ nnweta na ibido n'ihina ọ naghị ewe oke ego iji bido. Mgbe ụfọdụ a naghi eji ego ọbụla ebido ya.

**Ọgwụ nkwụ na-enye**

Ọgwụ nkwụ na-enye so n'uru a na-enweta na nkwụ. Mmanụ nri si na nkwụ bụ ọgwụ ụkwara. Ọ bụrụ na e tinye ya na ngazi tinye ya nnu, gwakọta ya rachaa ya maọbụ ṅụọ ya,ọ na-enye aka ala ụkwara. Ọ na-ebu ụzọ mee ụkwara ka o ruruo; bịazie jiri nwayọọ laa. E nwere ike ịgwakọta mmanụ na nnu tee ya n'etito, o wee gbaa abụ ọsọọsọ. Mmanụ nri a gwakọtara nnu tee n'etito ga-eme ka etito ruruo ma chaa abụ ọsọọsọ, mee ka onye etito toro nwere onwe ya ọsọọsọ. Onye afọ koro nwere ike ịracha mmanụ, afọ koro eko akụkpọọ. Mmadụ ṅụọ ọgwụ ga-eme ka afọ saa ya, ọ bụrụ na afọ sawazie safere o nwere ike ịṅụ maọbụ rachaa mmanụ, afọ ọsịsa akwụsi. Ya bụ, e ji mmanụ nri akụnyụ ike ọgwụ. A na-agbanye ewu tara ọbụbọ mmanụ n'ọnụ,o nwere onwe ya. Ọkụkọ akpasị na-agba, a na-ete ya mmanụ.

Mmanụ ojukwu na-arụ ọgwụ. Igbokwe (2012:50) kwuru na mmanụ a sụpụtara na nkwụ ojukwu bụ ọgwụ n'onwe ya. A na-eji ya agwọ ọrịa

ụkwara, nsi eriri n'ọnụ. A na-etekwa ya dịka ajụ ọgwụ na ihe na-achụpụ amosu dị iche iche. Akwụ ojukwu na-arụ ọgwụ.

Ogiri akwụ ya bụ mmiri a sachapụtara n'akị e wepụtara n'abịrịbọ na-arụ ọgwụ nke ukwu. Ọ na-abụ a sachapụtachaa mmiri, e were ya wụfuo n'ama. Onye ọ bụla bu ihe ọjọọ abata ebe ahụ, ogiri akwụ ahụ emerụọ ya. Mmanụ sitere n'akị nkwụ (ude akị) bụ ọgwụ ụkwara, ọgwụ ihe ize/ihe mkpatụ/dike ukwu dg. A na-enye onye dike ukwu na-eme ude akị ka ọ ṅụọ, a na-arụnyekwa ya n'ike na anya onye ahụ. Ude akị na-akwụsịkwa ahụ ọkụ. Akị nkwụ nke akaghị aka e gbupụtara na nkwụ ka a na-asị na-atakpọmaọbụ achụ ehi afọ maọbụrụ na a tachite ya anya. A na -eji mmanya nkwụ egbunye maọbụ agwakọta ọgwụ Igbo. Iji kwado nke a, Igbokwe (2012:50) kwuru na a na-eji mmanya nkwụ abanye mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ dị iche iche, ndị e ji agwọ ọrịa n'ala Igbo. N'otu aka ahụ, Igbokwe (2012:50) kwukwara na mmanya nkwụ na-arụ ọrụ dịka ajụ ọgwụ (ịkụnyụ ike ọgwụ). A na-enye onye ọbụla riri nsi n'ọnụ mmanya nkwụ iji kụjụọ ike nsi ahụ. Onye dị otu a nwere ike ịgbọpụta nsi ahụ n'ọnụ ya. Eruru a wapụtara n'ogwe nkwụ bụkwa ọgwụ a na-etinye na mmiri na-enye nwa a mụrụ ọhụrụ maka ibelata afọ ọhịhị.

**Nri nkwụ na-enye**

Ihe ọ bụla bara mmadụ ọnụ maka ọdịmma ahụ ya nke abụghị ọgwụ bụ nri. A na-esite na nkwụ enweta akwụ nke e nwere ike ịta etu ahụ n'esighị, egheghị maọbụ rụọ arụọ. E nwere ike isi akwụ esi ma taa, e nwere ike ịrụ ya arụ, e nwere ike ighe ya eghe ma taa. Ha niile bụcha ihe oriri. Akị sitere na nkwụ ka e nwekwara ike iti taa ya etu ahụ maọbụ taa ya na ụkwa, jiakpụ, achịcha, garị, dg. ọ bụrụ ezigbo ihe oriri na- eju afọ. A ga-ahọta nri ndị Igbo a ga-esi n'ejighi mmanụ. E ji mmanụ nkwụ esi nri ndị dị ka ofe, ji, ede, osikapa. E ji ya agwọ ihe ọgwụgwọ dị iche iche dị ka jiakpu, ji, ụkpaka maọbụ ụgba, akịdị, agwa, dg. N'otu aka ahụ, Igbokwe (2012:50) kwuru na akị a na-ewepụta na mkpụrụ nkwụ bụ nnukwute ihe oriri. A na-eji ya ata uke, akpụ mmiri (abacha) achịcha maọbụkwa ihe oriri ndị ọzọ. Eruru a na-awata n'ogwe nkwụ bụ ihe oriri. E nwere ike ịhụ ya ahụ maọbụ ghee ya eghee. Ụmụ anụmanụ a na -eweta na nkwụ dịka akpa, ebie, ịkụkọrọ, ọnụ mmanya bụchakwa ihe oriri na-atọ ụtọ.

**Nkwụ dịka osisi nnweta ego**

Nkwụ bụ ezigbo osisi e ji enweta ego n'ala Igbo. Onye nwere nkwụ na ihe ndị na-esite na nkwụ enweta ego, ego anaghị akọ ya ma otu. N'ihina mgbe ọbụla o rere nke ọbụla, ezigbo ego na-eju ya aka. Mmanya si na nkwụ bụkwa ezigbo ihe nnweta ego. Ma onye nwe nkwụ ma onye na-ete ya na-esite n'ego e retere na mmanya emepụta ihe a hụrụ anya. Ndị mmadụ na- azụkwa ahịa mmanya nkwụ regharịa ya ma nwetakwa ya uru kwụrụ uru. Ya bụ ezigbo ego na-esi n'ịzụ na ire mmanya nkwụ apụta.

A na-agba nkwụ ibe sikwa na ya nweta ego, ya bụ onye ego kọrọ nwere ike were nkwụ ya nye mmadụ nara ya ego. Onye ahụ na -eri uru dị na nkwụ ahụ wee ruo mgbe onye gbara nkwụ ahụ ibe sara ya (ya bụ ruo mgbe o nyeghachiri ya ego ahụ ọ naara ya). Ọ bụrụ na o nyeghachi ego, onye nyere nkwụ sezie aka na nkwụ ahụ. Onye nwe nkwụ ewegharazie nkwụ ya. A na-awa osisi nkwụ ree ya wee nweta ego. Osisi nkwụ a wara n'ogologo bụ nke e ji arụ ụlọ. A na-awakwa osisi nkwụ maka nkụ nke e nwekwara ike ire wee nwetakwa ego.

O nwere ndị Igbo ego ha nwere taa bụ site na nkwụ. A na-ere akwụ site na ya nweta ego. A na-ere aki site na ya nweta ego. A na-ere mmanụ nri site na ya nweta ego. A nakwa ere ude akị site na ya nweta ego.

**Nkwụ dịka ihe nnweta ihe e ji arụpụta ihe ndị ọzọ bara uru**

E nwere ike isi na nkwụ nweta ihe dị iche iche e ji emepụta ihe ndị ọzọ. Ọmụmaatụ:

**Eriri maọbụ ekwere** si na nkwụ ka e ji akpa nkata.

**Akị** ka e ji esipụta ude akị na mmanụ e ji esi osikapa. E jikwa akị emepụta nri ụmụ anụmanụ dịka nri ọkụkọ, nri ezi.

**Mmanụ** ka e ji esipụta ncha nkọta. Mmanya nkwụ ka e ji esipụta mmanya ọkụ kaịkaị. E nwekwara ike ree ogugu sikwa na ya nweta ego. Azịza sitere na nkwụ bụkwa ihe ọzọ na-enye ego. E ji osisi a wapụtara na nkwụ arụ ụlọ. Nkwụ bụ ezigbo osisi e ji arụ ụlọ. Nkwụ ojii kara aka na-aka mma iji rụ ụlọ n'ihina ọ naghị agba ụtụ. Osisi nkwụ ojii bụ nke ime ya na-eji oji ma a waa ya. A na-ejikarị ya akụ elu ụlọ. N'ihi ya osisi nkwụ bụ ezigbo ihe nnweta ego.

**Aha ụfọdụ gbasara nkwụ**

**Ọmụ:** Ọmụ bụ igu nkwụ kana -epupụta ọhụrụ n'etiti nkwụ maọbụ n'elu elu nkwụ. E nwekwara ike ịkpọ ya ọkpụkpa.

**Igu:** Nke bụ ọmụ kagoro aka. A na-eji nke a azụ anụmaanụ dịka ewu. N'igu ka a na-enweta ogugu, azịza na eriri.

**Ogugu:** N'ogugu ka azịza na-adị. A hịachapụ azịza n'igu ihe na-afọzi bụ ogugu. Ogugu na-eto ogologo karịcha ihe niile dị na nkwụ. **Aziza:** N'igu nkwụ ka esi enweta azịza.

**Eriri:** N'ogugu ka e si ekpeta eriri e ji eke ihe, akpa ekete dg

**Igbogiri:** Nke bụ ebe igu si punye na nkwụ. Ebe a na-ebu ibu kara ogugu. Ọ na-enwekwa ogwu mana ọ na-adị nkenke karịa ogugu.

**Ogbe akwụ:** Nke bụ ihe nkwụ mịpụtara. Ogbe akwụ bụ ebe isi uru dị na nkwụ nọ. Na ya ka akwụ, akị, abiribo dg. na-adị.

**Akị:** Akị na-adị na ime mkpụrụ akwụ e tiwaa mkpụrụ akwụ enweta akị.

**Mkpụrụ akwụ:** Mkpụrụ akwụ ka a na-enweta n'ogbe akwụ.

**Aghịrịgha:** Nke a bụ ogwu dị n'ogbe akwụ. N'ime aghịrịgha ka a na-enweta mkpụrụ akwụ.

**Ederi:** Nke a na-epunyekwa na nkwụ dịka ogbe akwụ. Ọ na-adị ogologo, gbaa mkpụrụ mkpụrụ, o nweghị ihe na-epunye ya n'ahụ. A na-eji ya amụ ọkụ, maọbụ emeku ọkụ.
**Ogwe nkwụ**: Nke a bụ nkwụ e gbubiri mkpirisi
**Ukwu nkwụ:** Ukwu nkwụ bụ ebe nkwụ si punye n'ala
**Isara**: Nke a bụ nkirinke e tipụtara n'akị. E ji ya afụ ọkụ, e ji ya egbochi idei mmiri ịsachapụ aja wee tụọ ọbọ.

**Aha ihe ndi e si na ihe gbasara nkwụ ewepụta**
**Mmanụ nri:** Mmanụ e si na mkpụrụ akwụ sụpụta, ndị Igbo ji esi nri ha na abụghị ọgwụ.
**Ude akị:** Mmanụ e ghepụtara n'akị
**Ngụ:** Ntụ e nwetara n'aghịrịgha a kpọrọ ọkụ
**Nchankọta:** Ncha e ji ngụ na mmanụ sie
**Ogbenyedịmbụ**: Ihe e jiri abiribo kpụọ. E ji ya amụ ọkụ e ji ahụ ụzọ
**Upurutu:** Upurutu bụ ihe fọdụrụ ka a pachapụrụ mmanụ n'ibiribo, ọ na-arọ arọ karịa mmanụ, ọ naghị acha ka mmanụ, ọ na-acha edoedo.
**Ogiri akwụ:** Mmiri a sachapụtara n'akị mgbe a tụchara ya ka a na-akpọ ogigi akwụ.
**Abịrịbọ:** Ihe fọdụrụ n'akwụ a sụrụ asụ mgbe e wepụrụ ya akị bụ abịrịbọ.
**Mmanya nkwụ:** Mmanya e wetara na nkwụ bụ mmanya nkwụ.
**Kaịkaị:** Mmanya ọkụ e si na mmanya sipụta bụ kaịkaị.
**Aha ndị si n'ọrụ nkwụ na-enye**
Egbughaa - ịzụrụ akwụ regharịa
Mgbere akwụ – Ịzụ ahịa akwụ
Ogbu akwụ – Onye ọrụ ya bụ igbutu ogbe akwụ nakwa igu
nkwụ Ote nkwụ – Onye ọrụ ya bụ itepụta mmanya na nkwụ

**Ngwaa ndị metụtara nkwụ**
**Ta:** A na-ata akwụ na akị si na nkwụ ata. A naghị eri ha eri mana a na-eri anụmanụ ndị si na nkwụ eri. Anụmanụ dịka akwa nkwụ, ebie, ikukọrọ, ọǹụ mmanya
**Gbu:** Ogbe akwụ chaa, a na-egbutu ogbe akwu egbutu. A na-egbu akwụ egbu, a naghị aghọ akwụ aghọ.
**Kụ**: A na-akụ mkpụrụ akwụ akụ; ọ kacha mgbe mmadụ hụrụ ụdị mkpụrụ akwụ obi ya nabatara. E nwere ike ịkụ ya, o pue, e nweziri ike ịbụrụ ya dọzie ebe a chọrọ ka ọ dị. Mana ọtụtụ mgbe, nkwụ na-epuru onwe ya; a bịazie bụrụ dọọ ya ebe dị mma maọbụ hapụ ya ebe o puru ma ọ bụrụ na ebe o puru dị mma.
**Dọ:** Nkwụ purula epu ka a na-abụpụta ma dọọ ya ebe o kwesịrị ịdị ma ọ bụrụ na ebe o puru adịghị mma.

**Kpa:** Ịkpa akwụ bụ isi n'ogbe akwụ wepụta mkpụrụ akwụ. Nke a bụ iwepụta akwụ mgbe ọ ka siri ike n'aghịrịgha maọbụ ogbe ya maka iji ya si nri mgbe ahụ.
**Nwuo:** Inwuo akwụ bụ iwepụtasị mkpụrụ akwụ site n'aghịrịgha. Nke a na-abụkarị mgbe akwụ dịrịla nro mwepụta site n'aghịrịgha. Oge a, akwụ dị nro mwepụta ka a na-enwuo ya maka ibu ya aga ahịa maọbụ ịsụ ya asụ maka imeputa mmanụ. N'oge a ka a na-enwe akwụ buru ibu n'ihi o sighị ike n'aghịrịgha.
**Wụ:** Ote nkwụ na-esi n'elu nkwụ ebe ochinyere mbubu wụpụta mmanya. A na-asị na mmadụ na-awụ akwụ. A naghị azụ akwụ azụọ kasị mgbe mmadụ na-agba ya dịka mgbere.
**Za:** A na-aza mmanya ka e wee zapụ mkpụrụ mmanya na akịrịka. A na-azakwa mmanụ ka a zapụ akịrịka dị na ya.
**Rị:** A na-arị elu nkwu iji gbutuo ogbe akwụ, igu, maọbụ rịa elu akwu wee tee mmanya.
**Zi:** A na-ezi azịza ezi. Azịza e zipụtara na nkwụ ka e ji aza ụlọ
**Kwo:** A na-ekwokwa azịza ekwo
**Hịa:** A na-esi na igu maọbụ ogugu hịapụta azịza tupu eziwe ya
**Bu:** A na-esi n'ukwu nkwụ ebute ogbe akwụ
**Fụ:** A na-asị na nkwụ na-afụ ogbe. A naghị asị na nkwụ na-amị ogbe
**Cha:** Akwụ na-acha acha tupu egbuo ya. A naghịasị na nkwụ akaala ka egbuo ya; kama akwụ kaa, ọ ga -acha acha wee dịzie mma. Ọ bụrụ na akwụ kaa mana ọ chaghị acha ọ gaghị adị mma iji me mmanụ maọbụ iji si nri.
**Ghe** A na-eghe akwụ; ya bu iji mma maọbụ onyike gbupusịa aghirigha n'ogbe akwụ.
**Ghe**: A na-eghe aki wee ghepụta ude akị, a na-eghekwa akwụ ka ọ dị mma ọtịta.
**Ghụ:** Iji ihe nwere ọnụ mpịmpị maọbụ mkpụrụ aka wee wepụta mkpụrụ akwụ, ọ kacha mgbe ọ rara ahụ iji mma gbupụtasị aghịrịgha. **Ghu:** isi akwụ n'ọkụ ka o ghee eghee – ighu akwụ maka ọsụsụ
**Wo:** A na-ewo akwụ mgbe ọ ka dị n'elu. Ya bụ iji ihe toro ogologo wee wepụtasịa akwụ site n'ogbe ya dị n'elu.Mmadụ nwere ike iji ogugu wotusia akwụ n'elu maọbịa na mkpa iji si nri.
**Che:** A na-eche mmanụ n'oge mmanụ dị n'uju ka o wee baa uru n'ụkọ. A na-echekwa akị eche.
**Zụ:** A na-azụ nkwụ azu. A naghị akọ nkwụ akọ
**Sụ:** A na-asụ akwụ ka e wee paputa mmanu.
**Pa:**Ịpa mmanụ, e nwere ike iji aka eme nke a maọbụ njin ifo akwụ. Sọ aka ka e ji apa mmanu.
**Gba:** Iji aka agbachaputa mmanụ site na mkpuru akwụ.
**Ghu:** A na-eghu akwụ eghu maọbụ sie ya esie
**Si:** Isi akwụ
**Bụ:** Ịbụ nkwụ, ya bụ isi n'apali wee bụọ nkwụ

**Tụ:** Ịtụ akwụ bụ ịghọpụ akị ma hapụzie abịrịbo a ga-eghezi wee papụta mmanụ.
**Ghọ:** Ịghọ akwụ maọbụ akị bụ iwepụ akwụ maọbụ akị ndị dị mma na ndị dị njọ n'iche n'iche. E nwekwara ike ịhọpụ akwụ iche, họpụkwa akị iche
**Re:** Ree akwụ, akị, mmanya wee nweta ego
**Re:** Akwụ rere ere anaghị adị mma iji sie nri maọbụ ịta ata
**Te:** Ite ude akị maọbụ mmanụ dịka ọgwụ
**Te:** Ite nkwụ iji wụta mmanya nkwụ
**Ibe:** Ịgba nkwụ ibe. A na-agba nkwụ ibe mgbe ego kọrọ mmadụ, ọ na-achọ onye ọ ga-enye nkwụ ya ka o jidere ya ma nye ego ọ chọrọ. Mgbe o nyeghachiri onye ahụ ego ahụ, onye ahụ enyeghachi ya nkwụ ya.
**Lo:** A na-elo mmanụ si na-akwụ ma a tachaa ya ma gbụpụ abịrịbo. A na-elokwa mmanụ si n'akị, mgbe ụfọdụ ma akịrịka si n'akị a tara ata **Ra:** A na-aracha mmanụ nri maọbụ ude akị dịka ọgwụ
**Ṅụ:** A na-aṅụ mmanya nkwụ aṅụ. E nwekwara ike ịṅụ mmanụ aṅụ iji merụọ ike ọgwụ.
**Mị:** E nwere ike ịmịrị sọ mmiri si n'akị ma gbufuo akịrịka ya
**Tie:** A na-eti akị eti
**Kwụ:** Nke a bụ iwepụ akwụkwọ nkwụ dị n'azịza. A na-akwụ azịza ka o wee dị mma iji za ihe
**Rụ:** A na-arụ akwụ n'ọkụ ka ọ dị mma ọtịta
**Tụnwụọ:** Were nkwụ gị dị nso n'ụlọ ya tụnwụọ nke ya dị nso n'ụlọ gị.

**Nchịkọta na Mmechi**

Nkwụ baara ndị Igbo nnukwu uru, site na nkwụ mmadụ ga-enweta ọrụ, nri, ọgwụ, ihe e ji mepụta ihe ndị ọzọ, ego, dg. Onye nwere nkwụ nwere ego. Ihe gbasara nkwụ abụghị ihe a ga -akọrọ onye Igbo ọbụla akọrọ. Nkwụ bụ osisi ndị Igbo chọpụtara na gboo n'ihi ya onweghị ihe gbasara nkwụ enweghị aha maọbụ ngwaa e ji ezipụta ya n'Igbo. Ka ụwa na-agbanwe na-emepe anya na-aga; onweghị ihe ọbụla gbasara nkwụ gbanwere agbanwe. Ọ bụ eziokwu na ndị ọcha na-ewepụta ụzọ dị iche iche e ji emepụta mmanụ nri, ha nwekwara ohere ibiri ụfọdụ okwu site n'asụsụ Igbo iji mejuo okwu ha n'ihe gbasara nkwụ.

**Edensibịa**

Ezeuko, R.O. (1986). *Ewumewu, omenala, ofufe na nkwenye ndị Igbo.* Onitsha: Etukokwu

Igbokwe, B.N. (2012). "Osisi nkwụ na uru ya n'obodo Mbieri". N'*Ọja international journal of Igbo, African & Asian Studies*. mbipụta mbụ, ihu 46-49.

Ilechukwu, D.I. (2017). "An English-Igbo translation of palm tree production and processing terms for human development". N'*Unizik journal of Arts and humanities(UJAH) special edition*http://www.ayol.info/indeụ.php/ujah/indeụ pp 145-162.

Maduekwe, J.C. (1979). "Osisi na-amị ego". N'Ekechukwu, R.M. (ọhz) *Akpa uche (Anthology of modern Igbo verse)*. Ibadan: University press, ihu 24-25.

Ubesie, T. (1979). "Nkwụ". N'Emenanjo, E.N. (ọhz) *Ụtarantị akwụkwọ abụ Igbo*. Ibadan: Evans Brothers.

Uchendu, M.E. & Opara, R.U, (2014). "Palm Shoot (ọmụ) Symbolism in Igbo tradition society". *Ọkpụlọ journal of arts and cultural heritage*. ISSN: 2384-6720, Vol. 1. Ihu 34-40.

# "MBỤRỤ" NDỊ IGBO JI EZIPỤTAIZU OHI

**Augustina Ekwy Ezemọka**
**Ngalaba Igbo**
**FCT College of Education, Zuba-Abuja, Naịjirịa**
**tinasommy04@yahoo.com**

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya na mbụrụ metụtara ajọ ndụ gbasara 'izu ohi'. Nwanchọcha chọrọ ịchọpụta mbụrụ dị iche iche ndị Ịgbo ji ezipụta 'izu ohi. Ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha gbasara izu ohi mana o nwebeghị ihe emerela na ya dịka o siri metụta amụmamụ ncheke. Ebumnuche nwanchọcha bụ iji amụmamụ ncheke chọpụta mbụrụ dị iche iche ndị Igbo ji ezipụta izu ohi. A gbakwara mbọ nyochaa mbụrụ ndị ahụ a chọpụtara iji chọpụta ihe ntụnyere ndị ahụ bụ ihe nhụrụnanya e jiri gosipụta nghọta nhụrụnuche. Atụtụ nwanchọcha gbadoro ụkwụ were mee nchọcha ya bụ atụtụ njirimee. Usoro a gbasoro were nweta ngwa ntụcha ụfọdụ ndị ahụ bụ site na mkparịta ụka nwanchọcha na ụfọdụ ndị Igbo mere; ya na ihe nwanchọcha maara dịka nwaada Igbo. Nwanchọcha nwetakwara ngwa ntụcha site n'ịgba ụfọdụ ndị okenye ụfọdụ ajụjụ ọnụ. Ụdị mbụrụ ndị a chọpụtara bụ ndị a: agụ mbu, aka ntụtụ,ágúchá ńkwū/mburi ngwere, abalị dị égwú, ime aka ńábó, àghùrú, o ji abalị eje, abalị dị égwú, omekome, ò jì égbé, èkpèrímàá, nkwọ mmụọ, ndị pụrụm nwerə. Nwachọcha lebakwara anya chọpụta ụdịmbụrụ nke mbụrụ ndị ahụ a chọpụtara dabara n'ime ya. Ha gụnyere ndị a: mbụrụ keechiche, nnọrọonwe, mmepụta na nke ngwakọ.

## Ndubata

Ndị Igbo bụ ndị maara ka e si eji ilu na akpaalaokwu dị iche iche achọ ihe ha na-ekwu mma ka o were dị ụtọ na ntị ndị mmadụ ma wepụtakwa echiche ụfọdụ abụghị nke a chọrọ ka a gbaa n'anwụ. Onye Igbo ọbụla na-asụ Igbo mana o jighi akpalaokwu na ilu achọ ihe ọ na-ekwu mma, ị mara na onye ahụ etozubeghị etozu n'asụsụ Igbo. Mbụrụ dịka ọ dị

n'amụmamụ ncheke nọchiri anya akpaalaokwu niile, ya mere nwa amaala Igbo ọbụla maara ihe ekwe na-akụ kwesiri iji mbụrụ were na-ewepụta echiche okwu ụfọdụ nke ọ chọghị ka a gbaa n'anwụ.

Ndị Igbo na-eji ihu gbarụrụ agbarụ na obi jupụtara n'iweele onye na-ebi ajọ ndụ ọkachasị onye na-ezu ohi. Ndị Igbo dịkà ndị nwere omenala na nsọ, anaghị achọ mmadụ ibi ndụ ekwesighị ekwesị. Anọzie (2003) kọwara na ihe a na-atụ anya n'aka nwa amaala Igbo ọbụla bụ ezigbo ndụ. Anọzie gakwara n'ihu kọwaa na ezigbo ndụ a ga-abụ ndụ nwayọọ n'ihi na ndị Igbo anaghị achọ ndụ gidigidi maọbụ ndụ ihe ga-eme echi ya mee taa. Ezigbo ndụ ga-abụ nke onye na-ebi ya ga-akwụba aka ya ọtọ n'ụdị ịgba mbọ na-ekwu eziokwu, ịrụsi ọrụ ike, ịkwanyere mmadụ ugwu, inwe obi ebere, anaghị ezu ohi, anaghị emerụ ala n'ụdị igbu mmadụ na arụ ndị ọzọ dị iche iche (hụ Olisa, 1972; Anọzie, 2003). Ọtụtụ ndị Igbo anaghị ekwe ka ha na ndị na-eme ihe ọjọọ dị iche iche ọkacha onye na-ezu ohi na-emekọ ihe.

Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha gbasara izu ohi ma nye ọtụtụ nkọwa gbasara ya mana onwebeghị ihe e meerela na ya dịka o si metụta amụmamụ ncheke. Mbụrụ nwere nsara uche n'amụmaamụ ncheke n'ihina a na-esi na ya aghọta maọbụ tapịa okwu. Amụmamụ ncheke na-esite n'ihe nhụrụanya na gburugburu gosipụta ihe e bu n'uche. Umeọdịnka (2017) kọwara na onye ọbụla maara asụsụ kwesiri ịma ihe e ji asụsụ ahụ eme. Ọ gara n'ihu kwuo na a na-ejikarị okwu e kwuru ekwu arụ ọrụ n'asụsụ karịa ihe e dere ede. Umeọdịnka (2017) gbakwara mbọ kọwapụta ihe Ferugan (2008) kwuru maka nghọta asụsụ. O kwuru na Ferugan sịrị na nnukwu ọrụ kachasị mkpa asụsụ na-arụ bụ ime ka ihe mmadụ kwuru na nghọta ọ na-enye bụrụ otu. Ọ gara n'ihu kwuo na ọ bụ mgbe e tinyere okwu n'ọnọdụ ka ọnụụ ga-enwe ike ghọta ihe okwuu bu n'uche na ihe ọ chọrọ ka a ghọta n'okwu maọbụ na nkata ya.

Ọ bụ n'ihi nke a ka nwanchọcha jiri hụ na ọ dị mkpa ime nchọcha n'isiokwu a ma chọpụta mbụrụ ndị ahụ metụtaraizu ohi. Nwanchọcha ga-achọpụta etu ndị Igbo si eji nsara echiche were ihe nhụrụanya mee ka a ghọta ihe nhụrụnuche gbasaraibi ndụ ohi. A ga-agbakwa mbọ chọpụta ụdị mbụrụ izu ohi ndị ahụ dabara na ya.

A kanyere akara ụdaelu, akara ụdaala na akara ụdansụda ebe niile ha kwesiri ịdị.

**Nsogbu nchọcha**

Ọtụtụ ụmụafọ Igbo bụ ndị nwere ike iji mbụrụ na-ekwu okwu mana ha anaghị etinye ya ebe o kwesiri ekwesi ọkachasị ka o si metụta izu ohi. Ọ dị mkpa ka a mata na ọrụ mbụrụ bụ ime ka e nwee echiche miri emi, ya mere na ọ bụrụ na e tinye mbụrụ n'okwu mana o mejupụtaghị ebumnobi ya ịmara na a ga-enwe mgbagwoju anya n'ihe okwuu chọrọ ka a ghọta n'okwu ya. Ụfọdụ ndị na-eto eto bụkwa ndị nwere ike ọ bụrụ na ha amaghị etu e si

eji mbụrụ achọ okwu mma maọbụ ka e si eji ya egosipụta ihe ụfọdụ ha bu n'obi nke ha achọghị ikwupụta gbowam ọkachasị n'okwu metụtara izu ohi. Ya mere o ji dị ezigbo mkpa n'ebe ndị na-eto eto nọ ka ha were mara etu ha ga-esi jiri mbụrụ na-egosipụta ebumnobi ha mgbe ụfọdụ ọkachasị mgbe ha chọrọ ikwu maka mmadụ izu ohi.

Ndị mmadụ emeela ọtụtụ nchọcha gbasra mbụrụ nakwa maka ihe ọjọọ dị iche iche nke izu ohi bụ otu n'ime ha; mana ka o sila dị, onwebeghị onye merela nchọcha maka iji mbụrụ zipụta agwa izu n'ala Igbo. Ọ bụ nke a kpalitere mmụọ nwanchọcha ime nchọcha n'isiokwu a iji mechie oghere nke ndị ome nchọcha hapụrụ ma belata nsogbu cheere ndị mmadụ aka mgba n'ụzọ e si eji mbụrụ ezipụta ajọ agwa izu ohi. Nchọcha a gbadoro ụkwụ naanị n'ịchọpụta mbụrụ ndị ahụ ndị Igbo ji ezipụta 'izu ohi'

**Mbunuuche nchọcha**

Ihe ndị e bu n'uche na nchọchaa bụ ndị a:

1) Ịchọpụta mbụrụ ndị ahụ e ji ezipụta izu ohi n'ala Igbo
2) Ịchọpụta ihe ntụ ndị ahụ e ji egosipụta ihe nhụrụnuuche iji zipụta izu ohi
3) Ime ka amata ụdị mbụrụ nke ndị ahụ a chọpụtara dabara na ya

**Uru nchọcha**

1) Nchọcha a ga-abara ndị na-eto eto n'ihe gbasara asụsụ Igbo uru n'ihi na ọ ga-eme ka ha nwekwuo ezi nghọta n'ihe gbasara iji mbụrụ ezipụta agwa izu ohi
2) Nchọcha a ga-enyere ndị chọrọ ime nchọcha n'amụmamụncheke n'ihi na ha ga-enweta ihe ụfọdụ ga-enyere ha aka ime nchọcha nke ha.

**Nkọwa ọkpụrụkpụokwu ndịmetụtara isiokwu**

N'ebe a, nwanchọcha tụlere nkọwa ndị mmadụ dị iche iche merela n'okpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu nchọcha ya. Ọkpụrụkpụ okwu ndị a ga-atụle nkọwa ha bụ: ajọ ndụ na mbụrụ.

**Ajọndụ**

Ndị Igbo anaghị eji ezigbo anya ele onye na- enupu isi maọbụ onye agwa ya anaghị adaba dịka o si metụta usoro obibi ndụ ndị Igbo. Ajọ ndụ dịka Anọzie (2003) kọwara bụ mmadụ ime ihe ndị ahụ adabaghị n'usoro obibi ndụ obodo ọ nọ n'ime ya. Ọtụtụ ndị Igbo anaghị ekwe ka ha na onye na-ebi ajọ ndụ na-emekọ ihe. Nke a pụtara na a na-eze onye na-ebi ajọ ndụ eze dịka omenela Igbo sịrị dị.

Na nkọwa nke Igbo (2007: 143), ajọ ndụ bụ udị ndụahụ ndị Igbo na ọtụtụ mba ndị ọzọ na ahụ dịka 'arụ'. Ụfọdụ ajọndụ ndị ahụ gụnyere: igbu mmadụ, ịkwụ ụdọ, izu ohi, ịgba akwụna, ịta amosu, ịgba ama ụgha, ịtọ mmadụ, mmekọ nwanne na nwanne, idina nwunye maọbụ di mmadụ, izobe maọbụ ịkwado onye mere ihe ọjọọ, ikwo ekworo, ịta mmọnwụ, dg. (hụ

Anọzie, 2003; Igbo, 2007). Igbo (2007) gara n'ihu kọwaa na dịka omenala Igbo siri dị na ajọ akparamagwa na ajọ omume ndị a nwere ndịmegidere mmadụ, ọha obodo maọbụ ala. Oputa (1975) kọwara na mgbe ochie n'ala Igbo, na onye mere ihe arụ ndị a na-anata nnukwu ntaramahụhụ. O kwuru na ụfọdụ ka a na -egbu egbu, ebe a na-amapụ ụfọdụ amapụ n'obodo. Ntaramahụhụ onye ahụ ga-esite n'ụdị agwa ọjọọ onye ahụ kpara.

Ndị Igbo na-ahụta onye na -ebi ajọ ndụ dịka onye merụrụ ala n'ihi na dịka Olisa (1972) siri kwuo, ihe ndị Igbo weere dịka ihe ha na-atụ ụjọ maka ụdị obibi ndụ ha bụ 'ala' maọbụ 'chi' ha na-efe. Ọ kọwakwara na ntaramahụhụ na-adịrị onye merụrụ ala maọbụ onye mere ihe ọjọọ. Olisa gara n'ihu kọwaa na mgbe ụfọdụ, ndị Igbo na-ata onye ahụ ahụhụ iji gosi na ha akwadoghị ihe onye ahụ na-eme. Oge ụfọdụ, a na-eji njakịrị maọbụ atụmatụokwu eme ka onye ahụ mata na agwa ya adịghị mma.

Nchọpụta na nkọwa ajọ ndụ nke ụfọdụ ndị mmadụ deerela maka ya nyere aka maka nchọcha a, mana nwanchọcha hụrụ ajọ ndụ dịka agwa mmadụ na-akpa megidere ọdịnaala, okpukpe na usoro obibi ndụ nke obodo onye ahụ nọ n'ime ya. Ụdị ajọ agwa a maọbụ omume a bụ nke onye ahụ anaghịzị ezo ezo.

**Izu ohi**

Izu ohi so n'otu agwa ndị Igbo na -ahụ dịka agwa jọgburu onwe ya. Igbo na Ugwuoke (2013) kọwara izu ohi dịka mmadụ iwere ihe onye ọzọ n'ụzọ akwụghị ọtọ, ọkacha ime nke a n'ụzọ nzuzo. Ha kọwara na izu ohi dị n'ụdị n'ụdị, nke ụfọdụ n'ime ha gụnyere ịma aka akpa, ohi ụgbọala, ohi igbuwa ụzọ, iji ụzọ aghụghọ nara mmadụ ihe ya, ịnapụ mmadụ akpa, ego maọbụ ekwentị, izu ohi n'ụlọakụ, ohi igbuwa ọnụ ụzọ, ịtọ mmadụ, izu ohi n'ule dg. N'aka nke ọzọ, izu ohi na nkọwa Matthew (2002) pụtara mmadụ ịnapụ maọbụ iwere ihe onye ọzọ mgbe onye nwe ihe ahụ enyeghị ya ikike maọbụ nkwado maka iwe ihe ahụ. Onye na-eme nke a na-eme ya ka ihe ahụ ọ naara onye ahụ bụrụzie nke ya. Ọtụtụ ihe Matthew (2002) gụnyekwara dịka izu ohi bụ mmadụ igwu mmadụ ibe ya ngarị, iji ụzọ aghụghọ nara mmadụ ihe ya, mmadụ iri ego gọọmentị wepụtara maka ịrụrụ ọha obodo ọrụ maọbụ ịkwụ ndị lara ezumike nka ụgwọ ọrụ ha, dg. Belson (1975) kwuru na ụfọdụ ndị mmadụ ji izu ohi mere aka ọrụ n'ihi ihe nnweta dị iche iche ha chere na ha na-enweta na ya.

Reid na Petersson (1976) kọwapụtara na ezigbo onye ohi dịka onye a na-enwude maọbụ átú ya aka n'ihi na onye ahụ na-ewe ihe mmadụ maọbụ ihe abụghị nke ya opekata mpe otu ugboro n'ime izuụka abụọ ọbụla. N'aka nke ọzọ, Peterson (1982) tụpụtara na izu ohi dìkà ijide mmadụ maọbụ ịhụta mmadụ dịka onye na-ewe ihe abụghị nke ya otu ugboro n'ọnwa atọ maọbụ ọnwa anọ ọbụla.

Ikejimba na Schuur (2018) gara n'ihu kwuo na ọtụtụ ndị ohi na Naịjirịa bụ ndị e ji izu ohi na nnukwu okporo ụzọ, ebe a na-ere mmanụ

ụgbọala na ụlọakụ were mara. Ikejimba na Schuur kọwara na ọtụtụ oge na ndị dị etu a na-eji ụdị ngwa ọgụ dị iche iche dịka egbe, mma, nnukwu ígwè na ọtụtụ ihe mmerụ ahụ ndị ọzọ were aga ohi. Matthew (2002) kwuru na ọtụtụ ndị ohi a na-ejide n'ala Bekee dịka na United Kingdom (UK) anaghị ejikarị ngwa ọgụ mgbe ọbụla. O kwukwara na ngwa ọgụ ndịa na-abụkarịkwa iji maja na iyija ndị ha dakporo maka ịnapụ ha ihe ndị ha chọrọ n'aka ha.

Na nkọwa Beredugo (2003), ọ chọpụtara na afọ ndị a na-ahụkarị na-ezu ohi bụ ndị nọ na-agbata afọ iri na asaa na afọ iri atọ. Agbata afọ nke a dabara n'agbata afọ nke FRN (2001) kpọrọ ndị ntorobịa. Ọzọ, Appiahene-Gyamfi (2003) chọpụtara na imilikiti ndị na-ezu ohi ọkacha ndị ji egbe ezu ohi bụ ndị ntorobịa nọ n'agbata afọ iri na asatọ na agbata afọ iri atọ na atọ.

Ọtụtụ ndị ọkammụta arụọla ọtụtụ ụka ihe na-ebutere ndị mmadụ izu ohi. A chọpụtara na onweghị otu ihe a ga-asị na ọbụ ya na-ebutere mmadụ izu ohi kama na o nwere ọtụtụ ihe ndị metụtara onwe ha maọbụ a ga-asị na ha nwere ike ijikọta aka butere mmadụ izu ohi (Sampson na Laub, 1993). Mana n'agbanyeghị nke a, Igbo na Ugwuoke (2013) kwuru na ọtụtụ ihe nwere ike ime ka mmadụ malite zuwe ohi dịka mmadụ ịda ogbenye, mmadụ ịṅụ ọgwụ aghara aghara, oke ọchịchọ maka ego, ọnọdụ ụkọ ọrụ, mgbe a napụrụ mmadụ òkè maọbụ ihe ruuru ya, na ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

Nkọwa niile ndị ọkammụta a mere banyere izu ohi dị ezigbo mkpa ime ka nkọwa banyere izu ohi pụta ihe. Mana nwanchọcha na-akọwa izu ohi dịka mmadụ iji anya ukwu na oke ọchịchọ nara mmadụ ihe ya n'agbanyeghị na onye nwe ihe ahụ enyeghị onye ahụ nkwado maọbụ ikike iwere ihe ahụ. Ndị na-akpa ụdị agwaa na-eme ya maka inweta ihe onyinye ndị ha ataghị ahụhụ ya.

**Mbụrụ**

Mbụrụ dịka Crystal (2008) siri kọwa bụ atụtụ metụtara ncheke nghọtaokwu nke na-eji otu ihe egosi nghọta dị n'okwu maọbụ ihe ọzọ. Ọ gara n'ihu kọwaa na mbụrụ nwere ike ime ka e si na nghọta otu ihe banye na nghọta ihe ọzọ.

Lakoff na Johnson (1980) kọwara na mbụrụ na -egosi etu mmadụ si eche echiche, ya na etu mmadụ si ahụta otu ihe dịka ihe ọzọ. Ha gakwara n'ihu kọwaa na mbụrụ na-egosi etu mmadụ si akọwa ihe gbasara ụwa na akparamagwa mmadụ.

Mbah na ndị ọzọ (2013) kọwara mbụrụ dịka atụmatụokwu e nwere n'asụsụ nke e ji ekwu okwu n'ụzọ mkpuke. Ha gara n'ihu kọwaa na iji mbụrụ kwuo okwu maọbụ gwa mmadụ okwu na-eme ka ihe a na -ekwu ghara ibutere mmadụ na ibe ya esemokwu maọbụ tinye onye kwuru okwu na nsogbu.

Eme, Mbagwụ na Mmadike (2016) kwuru na mbụrụ bụ nghọta okwu nke na-arụtụ aka n'ihe abụọ yiri onwe ha. Nkọwa ha na-egosi na a na-esi na nghọta otu ihe nweta nghọta ihe ọzọ. Nke a bụ iji kwado ihe Lakoff (1988) kwuru mgbe ọ kọwara na e nwere ụzọ echiche abụọ bụ nke mbụrụ na-enye. Otu nghọta na-egosi echiche nsinebe, ebe nke ọzọ na-egosi echiche ntụnyere. Eme, Mbagwụ na Mmadike (2016) gara n'ihu kọwaa na echiche nsinebe na-egosi ihe nhụrụanya nke a na-esi na ya enweta echiche ntụnyere bụ nke na-egosipụta nghọta nhụrụnuche.N'aka nke ọzọ, Ezeomeke (2004) kwuru na mbụrụ na myiri yitere onwe ha, mana naanị ebe ha nọrọ dị iche bụ na mbụrụ na-ekwu na otu ihe bụ ihe ọzọ, ebe myiri na-akọwa na otu ihe dika nke ọzọ.

N'ezie ọtụtụ ndị mmadụ enyela nkọwa gbasara mbụrụ, mana nwanchọcha n'aka nke ya na-ahụ mbụrụ dịka atụmatụokwu ndị ahụ a na-eji mkpụrụokwu maọbụ nkebiahịrị ezipụta ihe maọbụ agwa iji mee ka nghọta nhụrụnuche bụrụ nke a gbara n'anwụ. Mbụrụ dịka nghọta ya siri dị n'ihe ọmụmụ ncheke asụsụ bụ maka imepụta okwu ọhụrụ na echiche dị na ya. O nwekwara ike bụrụ okwu ga-agbatịwanye nghọta dị n'okwu ụfọdụ.

**Ụdịmbụrụ dị iche iche**

Richard (2018) chọpụtara na e nwere ọtụtụ mbụrụ dị iche iche. O kwuru na nke ọbụla n'ime ha nwere njirimara ha. Ụdịdị mbụrụ ndị ahụ bụ ndị a:

**i. Mbụrụkennọrọonwe**

Ụdị mbụrụ a bụ nke a na-ahụ mgbe ọ na ahịa ahụ ịchọpụta ihe e jiri mado na nwanne ya iji mepụta nghọta nhụrụnuche.

**ii. Mbụrụ kemgbagwo**

Nke a bụ ụdị mbụrụ a na-enweta nghọta nkịtị ya site n'iwebata ọtụtụ ihe nsinebe.

**iii. Mbụrụ keechiche**

Ụdị mbụrụ a bụ nke a na-esi na nghọta otu ihe nweta nghọta ihe ọzọ.

**iv. Mbụrụkemmepụta**

Nke a bụ ụdị mbụrụagbaghị onwe ya n'anwụ dịka atụmatụokwu.

**v. Mbụrụ nwụrụanwụ**

Ụdị mbụrụ a bụ ụdị atụmatụokwu e jizighị arụ ọrụ maọbụ nke anaghịzi enye ezigbo nghọta maọbụ echiche n'ihi na oteela aka e ji ya rụọ ọrụ

**vi. Mbụrụkemgbatị**

Ụdị mbụrụ a na-apụta ihe mgbe e ji ihe abụọ eyighị onwe ha were atụnyere ibe ya n'ime ahịrịokwu ụfọdụ dị na nkeji edemede maọbụ n'ọgbara abụ ụfọdụ.

**vii. Mbụrụkengwakọ**

Ụdị mbụrụ a bụ nke ihe nsinebe na nke ntụnyere ya anaghị enwe myitere ma ncha.

**viii. Mbụrụkenzipụta**

Mbụrụ dị etu a bụ nke na-enye mmadụ nghọta n'ihe gbasara ụwa na ntapịa ihe bụ eziokwu n'ụwa.

**ix. Mbụrụkendịnime**

Ụdị mbụrụ a bụ ụdị nke nsinebe ya na ntụnyere ya anaghị agba onwe ha n'anwụ, kama a na-esi na nghọta otu n'ime ha enweta nghọta nke ọzọ. Nghọta otu n'ime ha anaghị apụta ihe nke ọma.

**x. Mbụrụkenhụrụanya**

Mbụrụ a bụ ụdị a na-eji ihe esereese were nọchie anya mmadụ, anụmanụ, ebe maọbụ ihe; mana ihe eserese ahụ bụ nke a tụrụ anya na ọ ga-enwe ihe a ga-arụtụ aka bụ ebe o yiri ihe ahụ ọ na-anọchi anya ya.

**Ntụlegharịatụtụ**

Nwanchọcha tụlere atụtụ ncheke ụfọdụ ịchọpụta atụtụ kacha mmanke nchọcha a ga-agbado ụkwụ na ya, ụfọdụ atụtụ ndị ahụ gụnyere:

**Atụtụnsinagburugburu**

Nke a bụ otu n'ime atụtụ ncheke e nwere nke na-akọwa etu nwata si amụta asụsụ. Site na nkọwa Agbedo (2015), o kwuru na onye tụpụtara atụtụ a bụ B. F. Skinner n'akwụkwọ ya bụ *Verbal Behaviour* n'afọ 1957. Agbedo gara n'ihu kwuo na Skinner kọwara na asụsụ abụghị ebumpụta ụwa. O kwuru na o nweghị ihe dị n'okpokoro isi mmadụ tupu a mụọ ya, wee kwuo na ụbụrụ mmadụ dịka ụgbọodee onweghị ihe e dere na ya. O kwenyere na ka nwata na-eto, na ọ na-enweta ntụzi aka asụsụ site n'ihe ndị ọ na-eṅomi na gburugburu ya nke na-egosi na asụsụ abụghị ebumpụtaụwa. Ọ bụ ụzọ dị etu a ka nwata si amụta asụsụ. Skinner kọwara na nwatakịrị na-amụta asụsụ site na njali na kwunkwugha nke sitere n'aka ndị mụrụ ya, ndị na-eku ya maọbụ ndị ọzọ nọ na gbugburu ya. Ndị otu atụtụ nsinagburugburu a kọwara na a na-eme ka nwata gbalịa kwugharịa mgbe o nwetaghị ihe a chọrọ ka o kwuo. Ha kọwara naechiche ihe ọbụla nwere bụ enyo ihe ahụ na-akpalite n'echiche mmadụ mgbe ọbụla a kpọrọ ihe ahụ aha.

Atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-enye aka ịkọwapụta ihe gbasara mkpọaha na ihe a na-ahụ anya, nke a bụ maka na mgbe a kpọrọ ihe ahụ aha enyo ya ga-abịa onye ahụ n'uche maọbụ n'ụbụrụ.

Atụtụ a rikwara mperi n'ihi na ọ bụghị ihe niile a kpọrọ aha nwere enyo uche nke mmadụnwere ike ịghọta. Ọzọ, mmadụ abụọ maọbụ karịa anaghị enwe otu enyo nghọta gbasara otu ihe. Omachonu (2011) mere ka amata na Chomsky (1965) katọkwara atụtụ a were kwuo na ndị okenye na ndị nọ na gburugburu nwata anaghị ekwucha ihe niile dị n'asụsụ ha, n'ihi nke a, nwatakịrị anaghị enwetacha ihe niile o kwesịrị inweta n'asụsụ ahụ bụ ndị o kwesịrị ịmụta.

### Atụtụnsinụbụrụ (mbumpụtaụwa)

Atụtụa bụ Noam Chomsky tụpụtara. Ọ gbaghara atụtụnsinubụrụ. Chomsky (1965) kọwara na nwata ọbụla a mụrụ na-ebu ngwa mmụta asụsụ apụta ụwa. Chomsky kọwara na nwata ọbụla, n'agbanyeghi ebe a mụrụ ya maọbụ ndị nọ ya gburugburu na-amụta asụsụ ma kwuo okwu n'ihi akụkụ ụbụrụ ya bụ nke Chineke kere maka isụ asụsụ. Chomsky kpebiri na e nwere enyo n'ụbụrụ isi mmadụ nke e ji ahụta asụsụ maọbụ amụta ya n'agbanyeghị ma a kụziiri onye ahụ maọbụ na akụzirighị ya.Usoro ọmụmụ asụsụ atụtụ a na-agbaso bụ usoro kwunkwukwa nke bụ usoro njali na nzaghachi. Ndị otu atụtụ a kọwara na njali na nzaghachi na-aha nhata nha. Atụtụ a bara uru n'ihi na a na-esi na ya amata ihe dị n'ụbụrụ mmadụ.

N'aka nke ọzọ, atụtụ a riri mperi dịka ndị ọka mmụta siri kwuo n'ihi na onweghị mgbe usoro izugbe omume ihe na ọsịsa ya ga-esi gaa ihu na ihu. Ndị mmadụ katọrọ atụtụ a n'ihi na ọ kọwaghị ihe mere ụmụaka niile ji amụta asụsụ n'otu oge n'agbanyeghị n'ebe a mụrụ ha maọbụ asụsụ a mụnyere ha na ya.

### Atụtụndịna ncheke

Atụtụ a bụ Lakoff na Johnson tụputara ya n'afọ 1980. Ndị otu a tụpụtara atụtụ a iji mezie mgbagharị anya dapụtara n'etiti ndị atụtụ nsinụbụrụ na ndị nke nsinagburugburu. Ha gara n'ihu kọwaa na tupu a mata echiche okwu ọbụla, na a gaghị elefere ọrụ ụbụrụ na gburugburu anya. Ha na-akọwa na nsirihụ ndị otu abụọ a dịcha mkpa n'ọmụmụ na ịghọta asụsụ. Lakoff na ndị otu ya kọwara na ngwa ịmụta asụsụ bụ nke mmadụ buru pụta ụwa nke ga-enyere ya aka ịmụta na ịghọta asụsụ mgbe ihe dị na gburugburu ya kpaliri ya.

Lakoff na ndị otu ya tụrụ atụmatụ atọ gbasara etu asụsụ si arụ ọrụ. Ha bụ ndị a: nke mbụ bụ ịchọpụta ihe bụ eziokwu n'ekwumekwu. Ha kwuru na a na-achọpụta nke a site n'ịchọpụta ma isiokwu dị n'ahịrịokwu ọ bụ nke dị n'ọnọdụ e jiri kwuo ya. Ọzọ bụ ịchọpụta ma echiche okwu ọ bụ ihe ahụ a na-ahụ anya. Nke ọzọ bụ ịhụta eziokwu izugbe. Iwu nke a na-ekwu na onye ọbụla nwere etu o si amata ihe bụ eziokwu n'ụbụbọ.

Ọ bụ ihe ndị a mere ha jiri kpebie na ngwa ịmụta asụsụ dị nnukwu mkpa n'ụbụrụ mmadụ maka ịnabata ihe a kụziiri ya ọkachasi mgbe ihe dị na gburughuru ya kpaliri ngwa mmụta ya.

### Atụtụnjirimee

Atụtụ ncheke ọzọ pụtara ihe bụ atụtụ njirimee. Ndị tụpụtara ya bụ Ludwig Wittgenstein na Paul Horwish. Dịka Umezi (2017) siri kọwaa, o nwere akwụkwọ Wittgewtein dere n'afọ 1953 ọ kpọrọ *phisophicalinvestigation*. Ọ kọwara na ọ bụ n'ime akwụkwọ ahụ ka Wittgenstein nọrọ tụlee ihe jikọtara okwu ọbụla na akụkụ ụwa ebe a nọrọ kwuo ya. Ọ chọpụtara na echiche okwu ọbụla pụtara ihe ndị nwe ya ji ya

eme maọbụ ihe ha nwere ike iji ya mee maọbụ kwanụ usoro ha nwere ike ịgbaso mgbe ha chọrọ iji ya mee ihe n'asụsụ ha. N'otu aka ahụ, Ndimele (1999) kọwara na nghọtaokwu ọbụla bụ ihe ndị nwe asụsụ ahụ ji ya eme ka ọ bụ. Udemmadụ (2018) n'aka nke ya kwadokwara atụmatụ a mgbe o kwuru na mpụtara okwu ọbụla na-esite etu agbụrụ nwe asụsụ ahụ siri hụ ya.

Umezi (2017) gakwara n'ihu kwuo na Horwish (1990) dọnyeere atụtụ a ukwu n'ime akwụkwọ ya ọ kpọrọ *Truth*. Umezi kwuru na ọ bụ n'ime akwụkwọ a ka ọ nọrọ kwado atụtụ a mekwuo na ihe dị mkpa n'echiche okwu ọbụla gbadoro ụkwụ n'ihe ndị nwe asụsụ ahụ ọ dị na ya ji ya eme. Ọ gara n'ihu kọwaa na ịganyochawa ma okwu ahụ abụ eziokwuka ọ bụghị bụ nke adịghị mkpa.

Uru dị n'atụtụ a dịka Ibeh (2017) siri kọwaa bụ na ọ na-ewepụta echiche na nsirihụ mba dị iche iche. N'ihi uru dị n'atụtụ a, a ka ji ya arụ ọrụ ruo taa.N'agbanyeghị uru atụtụ a, ndị ọkammụta kọchara ya. Ha kwuru na ebe ọbụ na atụtụ a na-egosi na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ha, atụtụ a enyeghị ohere maka asụsụ abụọ ji otu ihe eme ihe dị iche iche n'otu oge. Ọzọkwa, ha kọchara ya were sị na echiche nwere ọdịdị nnọrọonwe nke emetụghị ọnọdụ ya n'asụsụ maọbụ n'atụmatụokwu.

**Atụtụemereeme nsinokwu**

Atụtụ a na-akọwa na okwu na -enwe echiche miri emi nke nwere ike izo n'ime ahịrịokwu etu o siri pụta ihe n'asụsụ ọ dị n'ime ya. Atụtụ a kọwakwara n'ike dị n'okwu ọnụ mmadụ. Iji kwado atụtụ a, Bach na Harnish (1979) kwuru na atụtụ a nyere ezigbo aka ime ka a mata na ihe dị n'okwu abụghị ihe okwu ahụ na- egosipụta kama na ọ bụ ihe ndị nwe asụsụ okwu ahụ dị n'ime ya mere oge e kwuru ya.

Ndị ọkammụta ụfọdụ dịka Udemmadụ na Umezi (2017) ekwechaghị n'atụtụ a n'ihi na ha kọwara na ụfọdụ oge, agwa nghọta okwu nke okwuu kwuru anaghị adịcha mfe, nke a bụ maka na ịghọta ihe o kwuu na-ekwu na-esi n'ọnọdụ nkata nakwa gburugburu a nọ na ya. Ụfọdụ ndị ọkammụta katọrọ atụtụ a n'ihi na o nwere iwu dị iche iche na- achị ya. Ha kwuru na ebe iwu dị mkpa bụ n'amụmamụ ụtọasụsụ na usoro ahịrịokwu, mana ọ bụrụ n'amụmamụ ụbụbọ na ọ bụ ntụziaka ka o ji arụ ọrụ**.**

**Atụtụnchọcha**

Site na ntụleghari nchọcha nwanchọcha mere, ọ chọpụtara na ọ dị mkpa ka nchọcha isiokwu a gbado ụkwụ n'atụtụ njirimee n'agbanyeghị ụfọdụ mperi ndị ọkaasụsụ ụfọdụ kwuru na atụtụ a riri. Ihe kpatara nwa nchọcha jiri họrọ atụtụ a bụ maka na nchọcha a gbadoro ụkwụ na nkwenye atụtụ njirimee.

Nchọcha a ga-erita elele n'atụtụ njirimee n'ihi na atụtụ a na- akọwa na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ha. N'ihi nke a, a maara ndị Igbo dịka ndị na-ekwu okwu n'ụzọ mkpuke iji mepụta

mbunuche ha oge ụfọdụ. Ya mere ha na-eji ọtụtụ ihe ndị nhụrụnanya bụ ndị emetụtaghị ihe ha na-ekwu maka ya wereegosipụta nhụrụnechiche ha.

**Ntụlegharịihe edeerela n'isiokwu**

Ebe a ka nwanchọcha lebara anya ma tụlee ụfọdụ nchọcha ndị mmadụ merela gbasara isiokwu nchọcha ya. Ọ bụ nke a nyere ya mgbakwasa ụkwụ maka ime nchọcha nke ya.

Nwangama (2005) na nchọcha o mere gbasara ihe bụ njọ na nkwenye na omenala ndị 'Ezza' na ụzọ e si akpụ arụ maka njọ ndị ahụ chọpụtara ọtụtụ ihe ndị Igbo hụrụ dịka njọ ma kọwapụtakwa ụzọ dị iche iche njọ ndị a si emegide ọdịmma ndị mmadụ. Nwangama tụpụtara aro were kwuo na ndị 'Ezza' na-ahụ njọ na ajọ omumenke izu ohi so n'ime ya dịka 'nsọ anị'. Ya mere na ọ dị mma ka a katọọ ma nye onye merụrụ ala ezigbo ọpịpịa ka iwe Chukwu okike ghara ịdakwasa ha niile. O kwukwara na ọ dị mkpa ka ndị mbịambịa bi n'Ezza na-ebi ezigbo ndụ ghara ime 'nsọ anị' nke megidere usoro obibi ndụ ha. Nwangama tụpụtakwara aro were sị na ọ dị mma ka ndị nne na nna, ndị okenye, ndị otu ọgbọ na ndị nchekwa obodo bụrụ ndị ga-agba mbọ hụ na ụmụaka na ndị otu ọgbọ na -ebi ezigbo ndụ kwesiri ekwesi ka ha ghara imebi 'omenana' ha.Nchọcha a bara uru n'ihi na o nyere aka kọwapụta ụfọdụ ihe ndị Ezza kpọrọ njọ bụ nke ịgba akwụna so n'ime ya. O gosikwara na ime ajọ ihe bụ nke obodo anaghị anabata mana-agbarụkwa ihu maka ya.

N'ịga n'ihu, Eme, Mbagwụ na Mmadike (2016), site na nchọcha ha mere banyere ndabere ilu na-adabere na mbụrụ kọwara na nghọta ilu nwere na-apụta ihe site na nghọtaokwu ndị nsinagburugburu nke e ji egosipụta nghọta nhụrụnuche. Ha chọpụtakwara na ọ bụzị naanị ndị okenye na-eji mbụrụ atụ ilu n'oge ugbu a, nke mere na mbụrụ bụ ihe na-achọ ifu n'ilu Igbo. Ha tụrụ aro ka e nwee ndepụta maka mbụrụ Igbo. Nchọcha a bara uru n'ihi na o nyere aka kọwaa ihe mbụrụ nwere ike ime nke bụ isi n'ihe nhụrụnanya were nweta nghọta nhụrụnuche.

Site na nchọcha nke Ibeh (2017) mere maka ntụle ndị metụtara nzuzu na nsirihụ ndị lgbo na ndị Bekee, o jiri atụtụ njirimeenyochaa mbụrụ ndị o nwetara. Ọ pụtara na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ka ọ bụ. Nchọcha ahụ ga-enye aka na nchọcha nke a n'ihi na nwa nchọcha jiri atụtụ njirimee werenyochaa nke ya.

Nwalọzie (2011) mere ntụcha ịchọpụta ihe gbasara izu ohi nke ụmụaka ụmụnwoke na -eto eto na-ezu. Ọ chọpụtara na izu ohi ọkacha nke e ji egbe ezu bawanyere nke ukwuukemgbe a lụchara agha Naịjirịa na Bịafra nke bidoro n'afọ 1967 ma kwụsị n'afọ 1970. Site n'ajụjụ ọnụNwalọzie gbara ụfọdụ ndị ntorobịa nọ n'ụlọ mkpọrọ, ndị ọkaiwu anọ, ụfọdụ ndị uwe ojii na ndị na-elekọta ndị nga, ọ chọpụtara na ọ dị ụzọ ọkpụrụkpụ ihe anọ

nwere ike iduba ndị ntorobịa n'izu ohi ọkachasị nke e ji egbe ezu. Ihe ndị ahụ gụnyere: iso ajọ otu, inwe oke ọchịchọ gbasara ego, anya ukwu na ịda ogbenye. O kwuru na n'ime ihe niile a na nke kachasị eduba ha n'ajọ agwa a bụ iso ajọ otu.

Ogbodo (2012) tụlere maka ihe ọjọọ na ajọ akparamaagwa na Steeti Enugwu na-agbata afọ 2000 ruo n'afọ 2009. Ogbodo chọpụtara na n'ime oge a, na mpụ na ajọ omume kacha pụta ihe na Steeti a bụ izu ohi n'ụdị dị iche iche ọkacha nke e ji egbe ezu, ịbagide mmadụ n'ike maka mmekọ nwoke na nwanyị, ịnapụ mmadụ ihe o nwere n'ike, imerụ mmadụ ahụ n'ụdị dị iche iche, ohi igbuwa ọnụ ụzọ, ohi ụgbọala, igbu mmadụ, ịtọ mmadụ, dg. Ogbodo chọpụtara na imilikiti mpụ a na-eme n'oge ahụ bú nke e ji emegide mmadụ karịrị nke e ji emegide akụnaụba Steeti ahụ. Ogbodo kwuru na otu ihe kacha pụta ihe bụ nke na-ebute ime ihe ọjọọ dị iche iche na Steeti Enugwu oge ahụ bụ agụụ na ịda ogbenye. Ọ gara n'ihu kọwaa na ihe na-ebutere ndị mmadụ ọnọdụ ọjọọ ahụ bụ enweghị ezigbo ndị ọchịchị nwere ike ịhazi akụnaụba obodo ahụ n'ụdị ọ ga-esi bara ọha obodo uru.

N'ịga n'ihu, Igbo na Ugwuoke (2013) site na nchọcha ha mere banyere ime mpụ na ụzọ dị iche iche a ga- esi belata ha n'ala Igbo mere ka a mata na ndị Igbo bụ ndị anaghị anabata ihe ọjọọ n'ụzọ ọbụla. Nke a bụ n'ihi na ọ na- emebi ntọala usoro obibi ndụ na ọdịnala ha. Igbo na Ugwuoke chọpụtara na ndị Igbo bụ ndị kpọrọ ihe ọjọọ na ime mpụ asị, ma hụkwa na arụnwere ike ibutere onye mere ihe ọjọọ ahụ, ezinuụlọ onye ahụ, ikwu na ibe maọbụ ọha obodo nnukwu ọdachi na ihe ihere. Ha chọpụtara na ọtụtụ oge na ụmụ mpụ na ajọ ihe ndị mmadụ mere nwere ike ibutere ha ajọ ọrịa maọbụ ọnwụ. Ha kọwara na n'ihi nke a, ọtụtụ ndị mmadụ na-agba mbọ ibi ndụ kwesiri ekwesi iji gbalahị ahụhụ ndị obodo, 'ala' maọbụ 'chi' nwere ike ịta ha.

N'ihe niile ndị mmadụ deerela banyere izu ohi, nwanchọcha chọpụtara na ọ dịbeghị onye jiri atụtụ ncheke lebaa anya n'izu ohi. N'ihi ya ka o jiri dị mkpa ka nwanchọcha mee nchọcha n'isiokwu a.

Nchọcha a bụ nchọcha sovee. E lebara anya na mbụrụ metụtara ajọ ndụ dịka o si metụta izu ohi na ka ndị Igbo siri hụ ya. A gbasoro atụtụ njirimee were nkọwa mbụrụ ndị ahụ maka imejupụta ebumnobi nchọcha a.

**Mbụrụ ndị a chọpụtara metụtara izu ohi na nsirihụ ndị Igbo**

Izu ohi dịka nwanchọcha chọpụtara so n'otu ajọ ndụndị Igbo na-ahụ dịka imerụ ala. Ebe a, nwanchọcha kọwapụtara ụfọdụ mbụrụ ndị a chọpụtara ndị Igbo ji ezipụta onye na-ezu ohi na nsiri hụta ha. Ha gunyere:

**agụ mbu**

Na nghọta nkịtị, ágú bụ ótù n'ime anụmanụ a maara na-akpa nnukwu ike. Ọ bụ ụdị anụmanụ anaghị emere ihe ọbụla dabara ya n'aka

ebere. Ọ naghịkwa eji anya ahụ ihe ọbụla ọ karịrị ma hapụ ya. Onye ọbụla hụrụ agụ anaghị akwụ akwụ maka na o nwere ike ịdọgbu onye ahụ. Agụ anaghị ahụ ihe oriri hapụ iburu ya. Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị Igbo ji eji mbụrụ a bụ 'agụ mbu' atụnyere onye na-ezu ohi ọkacha onye na-ezu ohi mgbe ọbụla.

**abalị dị égwú**

Abalị dịka a maara kwesiri ịbụ mgbe mmadụ ji ezu ike ọkachasị oge ọ rụchara ọrụ ụbọchị ya. Na nghọta nkịtị, abalị ekwesighị iyi mmadụ egwu. Ndị ohi bụkwa ndị a maara dịka ndị na-ejikari abalị ezu ohi mana-emekwa arụ ndị ọzọ dị iche iche. Ọ bụ n'ihi ya ka ndịIgboji eji ụdị mbụrụ a ezipụta onye na-ezu ohi mgbe ha achọghị ịkpọrọ onye ahụ okwu aha maọbụ kwuo maka agwa onye ahụ.

**Ime aka ńábó**

Chineke kere mmadụ ma nye ya aka abụọ. Mmadụ na-eji aka abụọ o nwere na-eme ihe dị iche iche. Ụfọdụ ndị nwere ọlụsị n'otu aka maọbụ ndị enweghị aka na-enwe ezigbo mwute n'ihi na aka ha ezughị oke. Ya mere mgbe mmadụ ji aka kwesiri ka o jiri na-eme ezigbo ihe were ya na-ezu ohi, a chọpụtara na ndị Igbona-eji ụdị mbụrụ a ezipụta na onye ahụ na-ezu ohi. Ha na-eme nke a ọkachasị mgbe ha achọghị ịkpọrọ onye ahụ okwu aha, maọbụ mgbe ha achọghị ikwu maka agwa ọjọọ onye ahụ n'ihu ndị mmadụ.

**aka ntụtụ**

Dịka e sirila kọwaa na mbụ, aka mmadụ bụ nke e chere Chukwu kere maka iji mee ihe dị iche iche nke gụnyekwara mmadụ ịtụtụ ihe mgbe naetu o siri masị onye ahụ. Na nghọta nkịtị, ọ bụrụ na a sị na mmadụ na-eme aka ntụtụ, e nwere ike chee na onye ahụ jiri ịtụtụ ihe mere aka ọrụ maọbụ na onye ahụ maara etu e si atụtụ ihe ngwa ngwa. N'aka nke ọzọ, ihe a na-atụtụ atụtụ na-egosi na ihe ahụ pere mpe, ọ bụghị nnukwu ihe maọbụ ihe buru ibu. Na nchọcha a, a chọpụtara na 'aka ntụtụ' bụ otu n'ime mbụrụ ndịIgbo ji ezipụta agwa onye na-ezu ohi ọkacha onye na-ezukarị ụmụ kịrịkịrị ihe maọbụ onye aghaghị izu ihu ihe mmadụ ebe ọbụla ọnọ maọbụ ebe ọbụla ọ gafere.

**ágúchá ńkwū/mburi ngwere**

Nke a bụ otu n'ime mbụrụ a chọpụtara ndị Agụata ji ezipụta onye na-ezu ohi. Na nghọta nkịtị, ágúchá ńkwū maọbụ mburi ngwere bụ ụdị nnụnụ na-ebekarị n'ukwu nkwụ. Ọ na-eseri ụmụ ngwere ma na-eburi ihe

ọbụla ọzọ ruru ya aka dịka ihe oriri. Ọ bụ n'ihi agwa ọ na-akpa mere ndị Igbo ji eji ya atụnyere onye na-ezu ohi ọkacha onye na-eme aka ntụtụ.

**àghùrú**

N'ala Igbo, àghùrú bụ anụmanụ a na-akpọkwa nwamba ọhịa. Na nghọta nkịtị, àghùrú bụ nke a maara dịka anụmanụ na-ebukarị ọkụkọ. Ọ naghị eji anya ahụ ọkụkọ ma ghara iburu ya. Ọbụ n'ihi nke a mere e ji chọpụta na ndịIgbo na-akpọ onye na- ezu ohi 'àghùrú' iji kosi na onye dị etu a anaghị eji anya ahụ ihe abụghị nke ya ma hapụ ịma etu ọ ga-esi were ihe ahụ. A chọpụtara na abịa n'ala Igbo, mgbe a kpọrọ mmadụ 'àghùrú' maọbụ mgbe mmadụ nụrụ ka a kpọrọ mmadụ àghùrú, ezigbo nwaafọIgbo ga-ama na ihe a chọrọ ka amata bụ na onye e ji 'àghùrú' mara bụ onye ohi.

**O ji abalị eje**

Abalị dịka a maara bụ mgbe mmadụ kwesiri iji zuo ike ọkachasị mgbe ọ rụchara ọrụ ụbọchị ya. N'agbanyeghị nke a, ọtụtụ oge, chi nwere ike ijibido mmadụ onye ahụ ewere abalị lawa be ya maọbụ gawa ebe ọ chọrọ ịga. Ya mere na nghọta nkịtị, o nwere ike ịpụta onye ji abalị eme njem. Na nchọcha a, a chọpụtara na mgbe a kpọrọ mmadụ 'o ji abalị eje' maọbụ 'ndị oji abalị, ihe ọ na-ezipụta bụ na onye ahụ maọbụ ndị ahụ na-ezu ohi.

**Òmèkómé**

A chọpụtara na 'Òmèkómé bụ otu n'ime mbụrụ nke ndịIgbo ji atụnyere onye na-ezu ohiọtụtụ oge, achọghị ịkpọrọ onye ahụ okwu aha maọbụ mgbe achọghị ka ụfọdụ ndị nọ okirikiri mara ihe a na-ekwu maka ya. 'Òmèkómé' na nghọta nkịtị nwere ike bụrụ onye na -emesi ihe ike maọbụ onye a na-ekwu otu ihe o mere, o mekwa ọzọ. Dịka a maara, agwa ndị ohi na-abụkarị agwa ime ihe dị egwu na ihe siri ike, ọtụtụ n'ime ha bụkwa ndị aghaghị izu ohi mgbe ọbụla. Ọ bụ n'ihi nke a mere ndịIgbo jiri were ụdị mbụrụ a were na-atụnyere onye maọbụ ndị na-ezu ohi.

**ò jì égbé**

Nke a bụ otu n'ime mbụrụ a chọpụtara ndịIgbo jikwa ezipụta izu ohi. Na nghọta nkịtị, ndị a maara e nyere ikike iji egbe arụ ọrụ maọbụ agagharị bụ ndị uwe ojii, ndị soja maọbụ ndị ọrụ nchekwa. Mana dịka a maara, ibu egbe na iji egbe ezu ohi maọbụ ịmaja ndị mmadụ bụ otu ihe e ji mara ndị ohi ọkacha ndị izu ohi nke ha katara ahụ. A chọpụtara na ọbụ nke a mere Igbo ji eji mbụrụ a bụ 'ò jì égbé' atụnyere onye maọbụ ndị na-ezu ohi. E nwere ike ịkpọ ndị ohi na-eji egbe ezu 'ndị òjì égbé'.

**Èkpèrímàá**

Èkpèrímàá bụ otu n'ime mbụrụ a chọpụtara e ji ezipụta onye na-ezu ohi n'ala Igbo. Ọtụtụ oge ka mmadụ anaghị achọ ka a kpọọ okwu ụfọdụ aha. Ya mere mgbe ọbụla a kpọrọ mmadụ 'ekperima', a mara na onye ahụ na-ezu ohi maọbụ na-ebi ụdị ndụ onye na-ezu ohi na-ebi.

**Nkwọ mmụọ**

Nkwọ mmụọ bụ otu n'ime mbụrụ a chọpụtara bụndịIgbo jikwa ezipụta izu ohi. Na nghọta nkịtị, nkwọ mmụọ bụ otu n'ime nnụnụ a maara na-eseri ụmụ uriom ọkụkọ nakwa ụfọdụ nnụnụ ndị pere mpe karịa ya. Onye bụ ofeke n'asụsụ a, ga-eche na mgbe a kpọrọ mmadụ 'nkwọ mmụọ' na ọ pụtara mmadụ iburu ọkụkọ mmadụ, onye ahụ nwere ike ọgaghị ama na ọ pụtara onye na-ezu ohi.

**Ndị pụrụm nwerə**

A chọpụtara na ndịIgbo na-eji ụdị mbụrụ a ezipụta izu ohi. Ha ji okwu a bụ 'pụrụm nwerə' ezipụta omume ndị na-ezu ohi. Ha anaghị arịọ onye nwe ihe arịọ tupu ha anapụ onye nwe ihe ahụ ihe ya n'ike. Ya mere e ji ụdị mbụrụ a mere ntụ e ji atụnyere onye na-ezu ohi.

**Nnyocha naịchọpụta ụdịmbụrụ ndị a chọpụtara**

**i)agụ mbu**

'Agụ' na ụdị agwaọ na-akpa bụ ihe nhụrụnaya e ji atụnyere onye maọbụ ndị na-ezu ohi. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n'ihi na ndịIgbo na-eji anụmanụ bụ 'agụ' nke abụghị mmadụ were mere ihe ntụ e ji ezipụta ihe nhụrụnuuche. Nke a bụ mbụrụ keechiche.

**ii) abalị dị egwu**

'Abalị dị egwu' bụ otu n'ime ntụ ndịIgbo ji atụnyere agwara onye na-ezu ohi iji zipụta mbunuche ha. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n'ihi na ha jiri 'abalị' na-egosi oge ezumike na ọchịchịrị ọ na-agba bụ nke na-eyi ụfọdụ mmadụ egwu were na-atụnyere onye na -ezu ohi, ọkacha mgbe a chọghị ịkpọ okwu aha. Ụdị mbụrụ pụtara ihe ebe a bụ mbụrụ keechiche.

**iii) ime aka abụọ**

Nke a bụkwa otu n'ime mbụrụ a chọpụtara ndịIgbo ji ezipụta onye na-ezu ohi. Atụtụ njirimee pụtakwara ihe ebe a n'ihi na ha ji akụkụ ahụ mmadụ 'aka' dịka ihe nhụrụanya were na-ezipụta nhụrụnuche maka agwa izu ohi. Mbụrụ keechiche pụtara ihe ebe a.

**iv) aka ntụtụ**

‘Aka’ bụ ihe ntụnyere nhụrụnanya e ji nọchi anya mmadụ, ebe ‘ntụtụ’ na-egosi agwara mmadụ ahụ iji mee ka nghọta nhụrụunuche bụ izu ohi pụta ihe. Ụdị mbụrụ a bụ mbụrụ keechiche. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a.

**v) agụcha nkwụ**

Ebe a ‘agụcha nkwụ’ bụnnụnụ, mana ndịIgbo ji ya mere ihe nhụrụnanya e ji a tụnyere onye na-ezu ohi, nke a mere ka atụtụ njirimee pụta ihe. Ụdị mbụrụ a bụ mbụrụ ke echiche.

**vi)àghùrú**

Na nghọta nkịtị, ‘àghùrú’ bụ anụmamanụ, mana ndịIgbo ji ya mere ihe nhụrụnanya e ji nọchi anya mmadụ ma werekwa ya na-atụnyere onye na-ezu ohi n’ihi ụdị agwa ọ na-akpa.Nke a mere ka atụtụ njirimee pụtakwa ihe. Mbụrụ a bụ mbụrụ keechiche.

**vii)O ji abalị eje**

Onye ọbụla maara na mmadụ nwere ike iji abalị gaa ebe ọbụla masịrị ya, mana ebe a, ndịIgbo na-eji mbụrụ ‘iji abalị eje’ ezipụta agwa ụfọdụ mmadụ na-ebi dịka nke izu ohi n’ihi na ọtụtụ mgbe, ndị ohi na-ejikarị abalị ezu ohi. N’ihi nke a, atụtụ njirimee pụtara ihe. Ụdị mbụrụ a bụ mbụrụ keechiche.

**viii) Òmèkómé**

Na nghọta nkịtị, Omekome kwesiri ịpụta onye na-abụ o mepụ otu ihe o mekwa ọzọ; mana a chọpụtara na e nwere ike ịkpọ ndị ohi a maara ama na-achọghị ịma ihe ndị mmadụ na-ekwu maka agwa ọjọọ ha na-akpa. Atụtụ njirimee pụtakwara ihe ebe a. Ụdịrị mbụrụ a bu mbụrụ mmepụta.

**ix) ò jì égbé**

Mgbe a sịrị na mmadụ ji ‘egbe’, na nghọta nkịtị e nwere ike chee na onye ahụ bụ otu n’ime ndị ọrụnchekwa obodo. Nke a bụ makana ọ bụ ha ka e nyere ikike iji egbe na- agagharị maka ọrụnchekwa obodo. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n’ihi na atụmatụokwu a bụ ndị ohi ka ọ na-ezipụta kama izipụta onye na-arụ ọrụ nchekwa obodo. Mbụrụ a bụ mbụrụ keechiche.

**x) Èkpèrímàá**

Èkpèrímàábụ ntụ e ji atụnyere agwara onye na-ebi ndụ izu ohi iji zipụta nhụrụnuche. Mgbe a kpọrọ mmadụ ekpèrímàá, onye maara ihe ekwe na-akụ n’asụsụ Igbo ga-aghọta na ọ bụ onye ohi ka a na-ekwu maka ya. Onweghị ihe a ga-asị jikọrọ mkpụrụokwu a bụ ekpèrímàá na ‘izu ohi’; mana n’ihi na asụsụ bụ ihe ndị obodo ọbụla ji ya eme, ndịIgbo nwere ike ịkpọ onye na-ezu ohi ‘ekpèrímàá’. Mbụrụ a dabara na mbụrụ kemmepụta.

**xi) Nkwọ mmụọ**

‘Nkwọ mmụọ’ bụ ntụ e ji mado n’agwa onye na-ezu ohisite n’iji ihe nhụrụnanya gosipụta nghọta nhụrụnuche. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n’ihi na ndịIgbo na-eji ‘nkwọ mmụọ’ a maara dịka nnụnụ were na-atụnyere

mmadụ. Ya mere na nghọta nkịtị, onweghị ka nnụnụ na mmadụ siri bụrụ otu. Mbụrụ a bụ nke nnọrọonwe

**xii) Ndị pụrụm nwerə**

Ọ bụ site n'akparamagwa ndị ohi na-akpa ka e ji ewere ụdị mbụrụ a na-atụnyere ha. Na nghọta nkịtị, e nwere ike chee na ọ bụ mmadụ ịnara mmadụ ihe n'ụdị dị iche iche dịka n'ụdị egwuregwu, njakịrị maọbụ onye karịrị mmadụ. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n'ihi na e ji ihe ntụ a na-ezipụta nhụrụnuche nke bụ izu ohi. Nke a bụ mbụrụ kengwakọ.

**Nchịkọta**

Na nchịkọta nchọcha a, nwanchọcha chọpụtara ụfọdụ mbụrụ ndị Igbo ji ezipụta izu ohi dịka otu n'ime ajọ ndụa na-agbarụrụ ihu. Ụfọdụ mbụrụ ndị ahụ bụ agụ mbu, aka ntụtụ,ágúchá ńkwū/mburi ngwere, abalị dị égwú, ime aka ńábó, àghùrú, o ji abalị eje, abalị dị égwú, omekome, ò jì égbé, èkpèrímàá, nkwọ mmụọ, ndị pụrụm nwerə.

Ọzọ, a chọpụtara na atụtụ njirimee e jiri nyochaa mbụrụ ndịa pụtara ihe n'ihi na ọtụtụ ihe ntụ ndị ahụ e ji atụnyere 'izu ohi' enweghị ka ha siri daba na nghọta nkịtị ha nwere. Nke a bụ iji gosi na okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ka ọ bụ.

**Aro**

Nwanchọcha na-arịọ ka ndị ọkammụta n'asụsụ Igbo ọkacha n'ihe Amụmamụ Ncheke gbaa mbọ bipụta ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ ga-enyere ndị ga-eme nchọcha n'ihe gbasara atụtụ ncheke n'ọdịniihu aka. Ọ dịkwa mma ka ha mepụta nkọwaokwu gbasara amụmamụ a. Ọ ga-adị mma ka ndị ome nchọcha ndị ọzọ mee nnyocha n'ụdị ajọ ndụ ndị ọzọ n'Igbo.

**Edensibịa**


Agbedo, C. U. (2015). *General linguistics: historical and contemporary perspectives.* Nsukka:KUMCEE-Ntaeshe Press Inc.

Akpamgbo, C.O. (ọhz). *African indigenous laws.* Nsukka: Institute of African Studies, University of Nigeria, Nsukka.

Anọzie.C.C. (2003). *Igbo kwenu. (akụkọ na omenala ndị Igbo).* Enugu: ComputerEdge Publishers.

Appiahene-Gyamfi, J. (2003)."Urban crime patterns in Ghana: The case of Accra".*Journal of criminal justice*, 31, 13-23.

Basden, G.T. (2006). *Among the Ibos of Nigeria*. Gloucestershire: NonsuchPublishing.

Belson, W.A. (1975). *Juvenile theft: The causal factors*. London: Harper & Row.

Beredugo, E. Y. (2003). "Notes on robbery in financial institutions and counter measures". Na P. Keku & T. Akingbade (ọhz.). *Dangerous days and savage nights: counteringthe menace of armed robbery in Nigeria*. Bloomington: Indiana, Ist Books Library.

Crystal, D. (2008). *The Cambridge encyclopaedia of language*. Cambridge:Cambridge University Press

Ezeomeke, S. O. (2004). *Igodo nghọta ụtọ asụsụ Igbo*. Enugu: Easy quality PressFederal Republic of Nigeria, (2001).*National Youth Policy and Strategic Plan of Action*, Abuja.

Ibeh, F. U. (2017). "Ntụle mbụrụ metụtara nzuzu na nsirihụ ndị Igbo na ndị Bekee". Ngụpụta semịna PhD, Mahadum Nnamdị, Ọka.

Igbo, E. U. M. (2001)."Nigeria's armed robbery problem. Na R. Apollo (ọhz.).*Social problems in Africa: New visions*. Westport: Praeger Publishers.

Igbo, E.U.M. (2007). *Introduction to criminology*. Nsukka: University of NigeriaPress.

Igbo, E.U.M. and Ugwuoke, C.O. (2013). "Crime and Crime Control in TraditionalIgbo Society of Nigeria". *Developing Country Studies*, 3 (13), 160-167.

Iherue, S. O. (2011). *Ihe ndị na- ebute ajọ akparamagwa na ihe ndị ọ na-eweta n'alaIgbo*. University of Nigeria, Nsukka.

Kazdin, A, E. (1995). *Conduct disorders in childhood adolescence (2nd ed.)*.Thousand Oaks, C. A: Sage Publishers.

Lakoff, G. (1987). *Women, fire and dangerous things: What categories revealabout the mind*. Chicago:University of Chicago Press.

Lakoff, G. & Johnson, M. (1980). *Metaphor we live*. Chicago: Chicago UniversityPress

Matthews, R. (2002). *Armed robbery*. Devon: Willian Publishing.

Mbah, B. M; Mbah, E. E; Ikekọnwụ, E. S; Okeke, C. O; Ugwuọna, C. N; Akaeze,C. M, Onu, J. O; Eze, E. A; Prezi, G. O & Odii, B. C (2013). *Igbo adị*. Enugu: University of Nigeria Press.

Ndimele, O. M. (1999). *Semantics and the frontiers of communication (2nd ed.)*. Port Harcourt: University of Port Harcourt Press.

Nwalọzie, C. J. (2007) "Armed robbery in the political economy of Nigeria: A systemic failure of control". Na G. N. Alaribe & M. E. Ohajunwa (ọhz.), *Gift and struggle: Trajectories of the christian life in Nigeria*. Owerri: Assumpta Press.

Ogbodo, K. (2012). *Trends in criminal activities*. Enugu: University of Nig. Press.

Olujinmi, A. (2005) "Keynote Address" Na*The national summit oncrime and policing in Nigeria: Challenges and options*, Lags: Network on Police Reforms in Nigeria.

Olisa, M. D. (1972). *Taboos in Igbo religion andsociety in West Africa religion II.*Nsukka University of Nigeria Press

Omachonu, G. S. (2011). "Semantics". Na G. S. Omachonu (ọhz.). *Nsuk texts in general linguistics. Vol.1*. Enugu: Rossen Publications.

Oputa, C.A. (1975). "Crime and Nigerian society". Na T.O. Nwabara, S.N. &Reid, J. B., & Patterson, G. R. (1976). "The modification of aggression and stealingbehaviour of boys in the home setting". Na E. Ribes-Inesta & A. Bandura (ọhz.), *Analysis of delinquency and aggression* New York: Wiley & Sons. ihu 123-146.

Richard, N. (2018). *The different types of metaphor. Thought co*. Ọwa ududo, Mee6, 2018.

Sampson, R. J. & Laub, J. H. (1993). *Crime in the making: Pathways and turning points through life*. Cambridge, MA: Harvard University Press.

Udemmadụ, T.N. (2018). *Ọmụmụnghọtaokwu (semantiiks)*. Onitsha: DurabilityPress.

Umeọdịnka, A. U. (2017). "The tonal patterns of inventives in Umuchu dialect".N'*Igbo language studies 2(1)*. ihu 85-98.

Umezi, P. I. (2019). "Nnwemagba oge na oke ala n'ilu Igbo na Steeti Anambara".Nchọcha PhD Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

# ỌDỊDA ILU IGBO NA SENCHURI NKE IRI ABỤỌ NA OTU

**Patrick Ik. Umezi**

**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia,**

**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka, Naịjirịa**

**08063883811**

**pi.umezi@unizik.edu.ng**

## Ụmị edemede

Edemede a bụ maka ọdịda ilu Igbo na senchuri nke iri abụọ na otu. Ihe nwanchọcha bu n'obi bụ ịchọpụta ma detuo ọnọdụ ọjọọ e tinyeghi ilu Igbo n'okwu Igbo nọ na senchuri nke iri abụọ na otu. Ihe kpalitere nwanchọcha ime nchọcha n'isiokwu a bụ na etu ndị mmadụ si etinye ilu Igbo n'okwu Igbo n'oge ochie abụghị etu ọ dị n'oge ugbu a. N'agbanyeghi mgbanwo ọjọọ dị etu a, o nwebeghi onye merela nchọcha ime ka uche ndị mmadụ rute n'ebe ahụ. Nwanchọcha gbara mbọ lechighaa anya azụ mgbe ezi dị n'ukwu ụkwa, were gosipụta na ọ bụ ilu Igbo bụ uwe ebube asụsụ Igbo yi were apụta n'ọgbọ. Nke a mere na ụmụaka na kwa ndị okenye na-agba mbọ mụta ilu Igbo ma were ya na-ekwu okwu oge ọbụla n'ebe o kwesiri. O wepụtara uru dị egwu nke a wetara maka asụsụ Igbo. N'agbanyeghi ihe ndị a, mgbanwo ọjọọ pụtara na senchuri iri abụọ na otu bụ na ọtụtụ ụmụafọ Igbo anaghị etinye ilu Igbo n'okwu mgbe ha na-asụ asụsụ Igbo. Nwanchọcha chọpụtara ọghọm ọnọdụ dị etu a nwere ike ibute, ma tụpụtakwuazi atụmatụ etu e nwere ike isi gbochie ya bụ ajọ ọnọdụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a: Ndị Igbo ga-ebugodu ụzọ hụ asụsụ Igbo n'anya ma were ya na-eme ọnụ; ndị nne na nna ga-agba mbọ na-ewepụta oge maka ọzụzụ ụmụaka n'ezinaụlọ ha dị iche iche. Ndị gọọmenti na ndị ọzọ agụmakwụkwọ dị n'aka ga-agba mbọ na-achịkọba asọmmpi nrụrịta ụka n'ogo dị iche iche n'ụlọakwụkwọ ndị dị n'ala Igbo na kwa ebe ndị ọzọ ndị Igbo bi.

**Ndubanye**

Onye amaghị ebe mmiri bidoro mawa ya anaghị ama ebe ọ nọrọ zere mmiri. Maka na obodo na-efu efu na -achị ọchị anaghị afọ ma ọlị. Ilu bụ otu n'ime mgbọrọgwụ ji asụsụ Igbo; e gbupu ya, asụsụ Igbo anwụọ. Ọ bụ maka nke a ka Achebe (1958) ji sị na ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu.

E techaa ofe ma e tinyeghi ya ogiri, ụtọ ya anaghị apụtacha. N'oge ochie, otu n'ime ihe ndị e ji ama onye bụ ọkaokwu n'asụsụ Igbo bụ site n'etu o si eji ilu agwọkọ okwu ya. Maka na mmọnwụ eyighi mbenukwu gba ọtọ. Nke a mere ka ndị mmadụ na-etinye uchu n'ịmụta ilu Igbo dị iche iche ma jiri ha na-ekwu okwu. N'oge ahụ, mgbe ọbụla mmadụ tụrụ ilu, ndị nụrụ ya na-echemi echiche ime iji ghọta echiche ndịnime ilu ahụ bu. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji bụrụ agbụrụ pụrụ iche na Na[jiria, maka na okwu siwe ike n'ọgbọ, ha ejiri ilu na-agwarịta onwe ha okwu; niihi na ogbodu anaghị anụ ihe mmọnwụ na-ekwu. Ọ bụ eziokwu na agbụrụ na kwa asụsụ dị iche iche dị na Naịjiria nwegasịrị ilu dị iche iche ha ji achọ asụsụ ha mma, ilu Igbo na-apụ iche site etu ndị Igbo si akwanyere ya ugwu iji gosi na ọ bụ na ya ka amamihe Chukwu ji gọzie ndị Igbo gbadoro ụkwụ.

Ka o sila dị, n'oge ugbu a, isi ajụ adịghịkwa n'ebe a rọnyere ya. Maka na ofeke mụta ịta atụ, osisi dị n'ọhịa agwụ. Ọtụtụ ndị Igbo na-alaghachizi azụ n'etu ha si etinye uchu n'ịmụta ilu Igbo na kwa iji ya ekwu okwu n'ọgbọ. Ụfọdụ ndị kpọrọ onwe ha ndị ọkaokwu n'asụsụ Igbo taa nwere ike ikwu okwu n'ọgbọ n'asụsụ Igbo ihe karịrị otu awa ma ọbụladị otu mkpụrụ ilu agaghị abata n'okwu ha. Nke a meziri ka ụfọdụ mmadụ kwụsị itinye uchu n'ịmụta ilu Igbo na kwa itinye ya n'okwu n'ọnọdụ ọbụla. Ụfọdụ na-ewe ilu ka ihe e ji akpa ọchị. Nke a mere na ụfọdụ oge onye tụọ ilu Igbo n'oge ọ na-ekwu okwu, ndị mmadụ achịwa ọchị maọbụ kụwara ya aka, kama ha ga-echemi echiche ime iji ghọta echiche ndịnime dị n'ilu ahụ. Nke a meziri ka ọnọdụ ilu n'asụsụ Igbo na-adatu adatu.

Ihe a kpụ n'ọnụ agwụghị, agba anaghị ezu ike. Ụfọdụ ndị mmadụ emeela nchọcha na ngalaba dị iche iche gbasara ilu Igbo n'ụdị dị iche iche. N'agbanyeghi mbọ niile ha gbarala, o nwebeghị onye lebara anya n'ọnọdụ ọdịda ilu Igbo na senchuri nke iri abụọ na otu; n'agbanyeghi na ọ dị nnukwu mkpa ka e mee nchọcha dị etu a maka ọdịmma na uto nke asụsụ Igbo n'ọyọ. Ọ bụ nke a kpalitere odee ime nchọcha pụrụ iche ma tinye mkpịsị ya n'akwụkwọ ka ọ mara ka ya bụ nkata ga-esi ghọọ ngịga. N'edemede a, odee ga-eleba anya n'ọnọdụ ilu Igbo n'oge ochie na kwa ọnọdụ ya n'oge ugbu a.

**Nkọwa ilu**

Ọtụtụ ndị mmadụ dị iche iche enyela nkọwa banyere ilu na nsirihụ dị iche iche. Ọfọmata (2016) sị na ilu bụ echiche miri emi nke Chineke si n'ọnụ onye maọbụ ndị kwuru ya were wepụta. Nkọwa ọfọmata metụtara ilu

dị ka o si dị n'asụsụ dị iche iche. Ọ bụghị ilu naanị n'asụsụ Igbo. Nke a gosiri na asụsụ ọbụla nwere ilu ha ji etinye ukoro ụtọ n'ụbụbọ. O gosikwuazịrị na ilu abụghị okwu nkịtị kama ọ bụ okwu amamihe e wepụtara maka echi.

Obiechina (1975) kọwara ilu dị ka mkpụrụ akị nke akọnauche ndị ọdịnala jupụtara n'ime ya. N'echiche Obiechina a ga -asị na ilu bụ ụdara na-ewepụta ụtọ okwu Igbo nke mkpụrụ jupụtara n'ime ya bụ okwu amamihe, akọnauche, nkụzi na nghọta miri emi. Nkọwa Obiechina na-egosị na ilu dị omimi, ọ bụghị okwu nkịtị. Ihe jupụtara n'ime ya bụ okwu amamihe nke na-etinye ukoro ụtọ n'okwu ma nyekwuazị nkụzi pụrụ iche nke ndị mmadụ ga-eji na-eto n'amamihe. Ihe ọ pụtara bụ na amamihe ndị Igbo gbadoro mgbọrọgwụ n'ilu ha ji ekwu okwu.

Nwadike (1981), n'aka nke ya, mere ka a mata na ilu bụ ọkpụrụkpụ okwu ndị mmadụ kwuru n'otu ebe na n'otu oge, nke mechaara bụrụ ihe ndị ọzọ ji ama atụ. Site na nkọwa a, Nwadike na -eme ka a ghọta na ilu Igbo anaghị esi n'elu ada. Ilu niile si n'echiche na kwa ọnụ mmadụ were pụta n'otu ebe na n'otu oge.

N'otu aka ahụ, Olugbamigbe (2003) na-akọwa na ilu bụ okwu ndị e si n'ihe a chọpụtara na ihe a hụrụ banyere ndụ na kwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'etiti onwe ha na kwa na gburugburu ha. Nkọwa Olugbamigbe gbadoro ụkwụ n'ebe ilu na-esi apụta. Ọ na-akọwa na ilu ọbụla na-esi n'ihe na-eme na gburugburu ndị na-atụ ya were apụta. Ọ bụ ihe na-esite na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ nke a ga-eme ka ilu ahụ nwee echiche na kwa nghọta zuru oke n'ebe ndị nwe ya nọ.

Ezema (2012) sị na ilu bụ nnu na mmanụ ndị Igbo ji esu okwu. N'otu aka ahụ ka Nwala (2010) si kwuo na ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Ha na-akwado echiche Achebe (1958), onye hụtara ilu dị ka mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Nkọwa ha sitere n'echiche ndị Igbo bido n'oge ochie, nke pụtara na dị ka e si esuru ji na mmanụ were eri, etu ahụ ka e si esuru okwu n'ilu were ekwu. Ya bụ, etu mmanụ si eme ka ji tọọ ụtọ, ka ilu si eme ka okwu daba nke ọma ma dịkwa ụtọ na ntị.

Okafor na Osondu (2013) dere na ilu bụ ngwaọrụ ndị okenye ji eme ire n'okwu. Nkọwa ha gbadoro ụkwụ n'ọrụ e ji ilu arụ n'okwu Igbo. Ndị Igbo sị na okwu banye n'agalịga, a chọba ndị nwere ọnụ ogologo. Ọ bụ ilu ka e ji ekwu okwu mgbe ọbụla okwu siri ike. Ihe ọ pụtara bụ na onye amaghị ilu ekwesighi iso n'izu mgbe ihe a na -akpa dị omimi. Ọ bụ nke a ka Okafor na Osondu ji nye ilu ụdị nkọwa dị etu a.

Igbo (2012), n'aka nke ya, mere ka a mata na ilu bụ nkenke okwu na-akọwapụta eziokwu ma na-enyekwa ndụmọdụ. Ọ kọwakwara ya dị ka okwu ndị a chịkọrọ ọnụ maka iji na-akọwapụta etu e si ahụta ndụ kwa ụbọchị; ọ na-enye okwu ọnọdụ ọma, nnabata ọma na kwa isi ụtọ.

**Echiche ndịmmadụ banyere ilu**

Kanu (2017), site na nchọcha o mere maka ilu n'ala Igbo na mkpa ilu dị n'Afrịka, kọwapụtara na ilu bụ a hụghị ebule a naghị eli dike n'asụsụ ndị Afrịka. Ọ sị na ndị Igbo, n'ụzọ pụrụ iche, enyela nkọwa banyere ilu n'ụzọ dị iche iche dị ka akwụkwọnri e ji eri okwu; mmanụ e ji eri okwu wdg. Ndị mba Zulu na Saụtụ Afrịka sị na e wepu ilu n'asụsụ ọbụla, a mara na a gbaala asụsụ ahụ akpụkpọ. Ya bụ na o nwezighi ahụ nke o ji enwe mkpụrụobi.

Ka o sila dị, Kanu (2015a) sị na ndị Yoroba kọwara ilu dị ka anyịnya e ji achụ okwu gbafuru agbafu. Ọ na-ebu amamihe na usoro obibi ndụ ndị Afrịka nke ọtụtụ agbụrụ dị iche iche. Ọ na-esi n'etiti ndị mmadụ apụta na-egosịpụtakwa ndụ ha na-ebi, nkwenye ha banyere ụwa na ọnọdụ mmadụ nọ na ya. Nchọcha Kanu bara uru nke ukwu. O gosipụtara n'ezie etu asụsụ dị iche iche dị n'Afrịka si eji ilu etinye ukoro ụtọ n'okwu. O gosikwuaziri na ilu bụ isi a hụrụ kwawa okpu n'ebe asụsụ dị iche iche dị, ọ kachasị asụsụ mba dị iche iche dị n'Afrịka.

Mbiti (1970), site na nchọcha o mere banyere amamihe na nkwenye ndị Afrịka, chọpụtara ma kwupụta na ọ bụ n'ilu ka a na-ahụta amamihe na nkwenye ọkpụtọrọkpụ ndị Afrịka. Ọ na-ahụta ilu dị ka ọdọnọ ebe amamihe ndị Afrịka gbakọrọ. Nchọcha Mbiti bara uru nke ukwu. Ọ na-egosi ihe na-eme n'ụwa taa. O doro ewu na ọkụkọ anya na amamihe ndị Afrịka zoro n'ilu ha ji ekwu okwu. Ya bụ na ilu abụghị okwu nkịtị; ọ na-ezipụta echiche miri emi.

Nwadike (2009), site na mbọ ọ gbara ịchọpụta etu ilu Igbo si dị mkpa na ndụ ndị Igbo, chọpụtara na ilu Igbo gbadoro ụkwụ n'akparamagwa na kwa usoro obibi ndụ ndị Igbo. Nkọwa ya bụ na ihe mejupụtara ilu Igbo bụ ihe banyere ndụ na nkwenye ha dị iche iche. Nke a gosiri na ọ bụ echiche ka e ji ewube ilu.Nchọcha Nwadike bara uru nke ukwu. O gosipụtara n'ezie na ilu Igbo na-ezipụta ndụ na nkwenye ndị Igbo n'ụzọ dị iche iche. Ọ na- ezipụta etu echiche ndị Igbo dị, ọ kachasị echiche onye na-ekwu okwu na nke onye ọ na-agwa. O gosiri na tupu mmadụ aghọta ilu Igbo nke ọma, o kwesiri na onye ahụ ga na-eche echiche ma nwekwuazi nghọta dị ka onye Igbo, maka na ilu na echiche bụ ụmụnne.

Ofomata (2004) mere ka a mata na n'agbanyeghi na asụsụ niile dị n'ụwa nwere ilu na okwu nka dị iche iche ha ji achọ okwu mma n'asụsụ ha, asụsụ Igbo pụrụ iche. A bịa n'asụsụ Igbo, ilu na-emetụta ma asụsụ ma ndụ ndị Igbo. Ilu Igbo jupụtara n'amamihe na echiche miri emi ndị na-egosi na nghọta ndị Igbo nwere banyere ụwa dị omimi. Ọ kọwapụtara na ilu Igbo bara uru na ngalaba dị iche iche. Ụfọdụ n'ime uru dị n'ilu Igbo gụnyere: ilu

Igbo na-ewulite amamihe n'ime mmadụ, ọ na-eme ka onye ọkaokwu nwee ike chịkọta okwu ya ọnụ n'otu oge ma zipụta echiche miri emi, ọ na-enyekwuazi aka n'idozi okwu na ịchọ okwu mma. Ọ bụ ihe ndị a na-eme ka okwu Igbo ọbụla e tinyere ilu nwee ukoro ụtọ dị egwu. Ọ gara n'ihu chọpụta na onye ọbụla na -asụ asụsụ Igbo ma ọ bụ nwaafọ Igbo ma ọ bụghịi, ga-agba mbọ mụta ka e si etinye ilu Igbo n'okwu Igbo; maka na amamihe ndị Igbo gbadoro mgbọrọgwụ n'ilu Igbo. Mgbe ọbụla e ji ilu Igbo ekwu okwu, ọ na-ezipụta amamihe onye na-ekwu okwu ahụ. N'otu aka ahụ, onye ọbụla e jiri ilu gwa okwu, ọ ghọta ihe e kwuru na-egosikwuazi na ọ ma ihe. Mana ọ bụrụ na ọ ghọtaghị ya, o gosiri na amamihe adịghị n'ime ya. Nke a mere ndị Igbo ji asị na onye a tụọrọ ilu kọwaara ya, a mara na ego e jiri lụọ nne ya lara n'iyi.

Nchọpụta Ofomata pụtara ihe na ndụ ndị Igbo bido n'oge ochie ruo n'oge ugbu a. Ilu Igbo bụ a hụghị ebule a naghị eli dike n'ebe asụsụ Igbo dị. Ya bụ na asụsụ Igbo gba ọtọ ma e wezụga ilu Igbo. Nke a mere na tupu mmadụ abụrụ ọkaokwu n'asụsụ Igbo, onye ahụ ga -ama na-etinye ilu n'okwu etu o kwesiri na kwa mgbe o kwesiri. Niihi nke a, ọ dị ezigbo mkpa ka onye ọbụla na-asụ Igbo gbaa mbọ jiri ilu Igbo na-etinye ukoro ụtọ n'okwu oge niile.

N'otu aka ahụ, Anugom (2010) mere ka a mata na ndị Igbo na-esite n'ilu, akpaalaokwu, ụkabụilu, mmemmadụ wdg, egosipụta etu ha si ahụta ụwa na ihe niile dị n'ime ya. Ọ bụkwuazi n'ụzọ dị etu a ka ha si egosipụta amamihe ha. Nchọcha Anugom gbasara ilu Igbo pụtara ihe na ndụ ndị Igbo. Ka ihe si dị ugbu a, o gosiri na omenala na usoro obibi ndụ ndị Igbo na-apụta ihe n'ilu Igbo dị iche iche. N'oge ochie, mgbe agụmakwụkwọ n'usoro Bekee abịabeghi n'ala Igbo, ilu bụ otu ụzọ ndị Igbo si azụlite ụmụaka n'usoro omenala. Nke a bụ maka na okwu ndụmọdụ na ihe mmụta dị iche iche jupụtara n'ilu na kwa akpaalaokwu Igbo dị iche iche.

Ka o sila dị, Davids (1980) gbara mbọ mee nchọcha ịchọpụta omimi mmekọrịta dị n'etiti ilu Igbo na okwu Igbo. Ọ chọpụtara ma kọwapụta na ilu Igbo kụrụ akwụ n'okwu Igbo. Nke a kwadoro okwu ndị Igbo na-ekwu sị, "Mgbe ilu m gwụrụ ka okwu m gwụrụ." Nke a na-egosi na isi sekpụ ntị n'okwu Igbo niile bụ ilu e ji ezipụta ha.Nchọcha Davids pụtara ihe n'etu ndị Igbo si akwanyere onye ọkaokwu ọbụla ji ilu achọ okwu ya mma ugwu site n'oge ochie ruo n'oge ugbu a. Nchọcha ya bara nnukwu uru maka na o nyere aka n'ịkpọlite ụmụafọ Igbo ka ha gbawa mbọ mụta ilu Igbo, chekwawa ya ma jirikwa ya na-ekwu okwu.

Edeh (1985), n’aka nke ya, mere nchọcha na gburugburu ala Igbo ịchọpụta nkwenye ndị Igbo banyere ụwa a na ụwa ọzọ. Ọ chọpụtara na ilu dị mkpa na ndụ ndị Igbo dị ka o si metụta mmekọrịta ndị mmadụ na ibe ha. O mere ka a mata na e ji ilu eme ọtụtụ ihe n’ala Igbo dị ka idozi esemokwu, ikwu okwu maka alụm di na nwunye, ịkpa oke ala wdg. Ọ sị na okwu ndị okenye niile jupụtara n’ilu Igbo, nke na-egosipụta amamihe ndị Igbo n’ogo dị iche iche. Ilu mere asụsụ Igbo ka ọ bụrụ asụsụ nka site n’ebube na-esi na ya apụta. N’okwu ya, ọ bụ eziokwu na o nweghị ebe e deturu amamihe na nkwenye ndị gboo gbasara mmadụ, ndị mmụọ, anụmanụ, osisi, ahịhịa dị n’ọhịa, elu, ala, obodo ndị mmadụ, ala mmụọ, wdg; mana e chekwabara ihe ndị a n’ilu Igbo. Nchọcha Edeh bara uru nke ukwu. Ọ pụtara ihe na ndụ ndị Igbo. N’ezie, ihe mejupụtara ilu Igbo bụ nkwenye dị iche iche ndị Igbo nwere banyere ihe ndị dị na gburugburu ha dị ka ihe nhụrụnuuche na ihe nhụrụnaanya dị iche iche.

Mbah na Mbah (2007) kwadoro echiche Edeh site na nchọcha ha mere banyere ilu Igbo na ọnọdụ ya n’asụsụ Igbo. Ha kọwara na ilu Igbo bụ amamihe a chịkọbara ọnụ na kwa akọnauche e kpokọbara ọnụ kamgbe afọ kwuru afọ ma bụrụkwa nke e wekọtara ọnụ na nghọta dị mfe. Nkọwa ha bụ na ihe mejupụtara ilu Igbo bụ echiche na nghọta ndị Igbo n’akụkụ ndụ dị iche iche site n’agbụrụ ruo n’agbụrụ.

N’agbanyeghi nke a, Basden (1921) mere nchọcha banyere ndụ ndị Igbo dị ka otu agbụrụ dị na Naịjiria. Ọ chọpụtara na ilu, akpaalaokwu, akụkọ ifo na akụkọ ala bụ ihe jupụtara na mkparịta ụka ndị Igbo. Ọ kọwapụtara site na nchọpụta ya na tupu onye ọbụla enwee ike isonye nke ọma n’ụbụbọ ndị Igbo ma ghọtakwuazị ihe ha na-ekwu nke ọma, onye ahụ ga-abụ a kwaa a kwụrụ n’ilu Igbo. Nke a mere o ji kpebie na okwu Igbo niile jupụtara n’ilu na akpaalaokwu. N’okwu ya, narị kwuru narị ilu Igbo dị iche iche ka ndị mmadụ na-atụ. Ha ji ya ajụ ajụjụ jirikwa ya enye ọsịsa ajụjụ dị iche iche. Ọ sị na nkọwa ilu na akpaalaokwu ụfọdụ na-edo anya; ebe ụfọdụ n’ime ha anaghị edo anya. Ihe ndị a ka o jiri kpebie ma kwupụta na okwu Igbo niile jupụtara n’amamihe na echiche miri emi.Nchọcha Basden bara uru nke ukwu, maka na o nyere aka gbaa ndụ ndị Igbo n’anwụ n’ụzọ o si metụta ilu n’ụbụbọ. Nke a gosiri na ọ dị nnukwu mkpa ka onye ọbụla na-amụ maọbụ na-asụ asụsụ Igbo gbaa mbọ gbanye ilu Igbo na mbọ iji nwee ike sonye nke ọma na nkata ọbụla metụtara ya.

Echebima (2015) chọpụtara na ilu Igbo dị nnukwu mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ sị na asụsụ Igbo jupụtara n’ilu, nke bụ ihe na-etinye isi ụtọ n’ụbụbọ. Ilu na-eme ka okwu Igbo gbanye mgbọrọgwụ siri ike ma pụtakwuazi ihe dị ka ọkọrọtọ na-egosipụta echiche miri emi dị n’ime okwu nke e ji ya kwuo. Ọ gara n’ihu kọwapụtakwuazi na ilu Igbo bụ okwu amamihe sitere n’aka ndị nna nna anyị ha gafee agbụrụ dị iche iche

were site n'aka fere aka ruo anyị aka. Ilu Igbo anaghị anwụ anwụ; ọ bụ nwata tote o tokwuru.Nchọcha Echebima na-akọwa na ilu abụghị okwu nkịtị. Ilu ọbụla nwere echiche miri emi ọ na-ezipụta. Ya bụ na mgbe ọbụla a tụrụ ilu Igbo, o kwesiri na onye ọbụla nụrụ ya agaghị aghọrọ ya elu elu; kama ọ ga-echemi echiche ime iji ghọta ihe ya bụ ilu na-ekwu. Ọ sị na ilu Igbo dị anwụ anwụ. Nke a gosiri na agbụrụ ọbụla ga-enwerịrị ihe ndị dị n'agbụrụ ha ndị ha ga-eji na-emebe ilu n'ụzọ dị iche iche. Nchọcha ya bara nnukwu uru niihi na o gosiri mkpa ọ dị ka agbụrụ ọbụla gbaa mbọ chekwaba ma na-atụ ilu Igbo bụ ọkụ nna nna ha gụnyere ha n'aka.

N'ịga n'ihu, Arinze (1979) mejupụtara ebumnoobi ya nke bụ ịchọpụta etu ịchụ aja na ofufe chi si aga n'omenaala Igbo. Ọ bụ na nchọcha a ka ọ nọrọchọpụta na ndị Igbo na-eji ilu agwa ndị mmụọ okwu. Nke a pụtara na ilu Igbo dị ezigbo mkpa n'ịgba afa, ịchụ aja, ịgọ ọjị, ịgọ ọfọ, na kwa ikpe ekpere ndị ọzọ dị iche iche n'ala Igbo. Ọ chọpụtara na otu ihe e ji ama onye afa wara maka ịbụ dibịa afa bụ na onye ahụ ga-abụ ọkaibe n'ilu Igbo. Nke a bụ otu n'ime akara ndị na-egosi na afa wara mmadụ. Ọtụtụ oge ndị dibịa na-agba afa, ọtụtụ okwu na-esi ha n'ọnụ apụta bụ ilu. Nke a bụ iji gosi mmekọrịta dị omimi dị n'etiti ndị mmadụ na ndị mmụọ. Etu ahụ ka ọ dịkwa mgbe ndị Igbo na-agọ ọjị, mgbe ha na-achụ aja dị iche iche maọbụ na-ekpere chi dị iche iche.Nchọcha Arinze gosipụtara n'ezie na asụsụ Igbo bụ ndụ ha. Ụwa ndị Igbo bụ ụwa ndị mmadụ na ndị mmụọ. Ha na-egosipụta ọtụtụ nkwenye ha site n'asụsụ ha. Nke a na-apụtakarị ihe n'etu ha si eji ilu ekwu okwu. Ya bụ n'ala Igbo, mmụọ na mmadụ na-akparịta ụka. Otu ihe na-enye aka ime nke a bụ ilu. Ọ pụtara ihe n'ihe na-eme taa n'ala Igbo. O doro anya na ọtụtụ oge e wete ọjị n'ezinaụlọ maọbụ n'ọgbakọ dị iche iche, a na-achọ okenye ka ọ gọọ ọjị ahụ. Mgbe okenye na -agọ ọjị, ọtụtụ okwu na-esi ya n'ọnụ apụta bụ ilu iji gosi mkpa ilu dị n'ebe ndị Igbo na chi ha nọ.

Chukwu (2014) kọwara na asụsụ Igbo bụ ilu, ilu bụrụ asụsụ Igbo. Ọ kọwapụtara na ndị Igbo na-ahụta ilu dị ka ụzọ kacha mma ma dịkwa nkenke iji kwuo okwu. Ọ bụ ilu ka e ji ama onye bụ onye Igbo. Nke a mere na onye ọbụla rurula ogo ihe e ji mmadụ eme n'ala Igbo mana ọ maghị ka e si etinye ilu n'okwu bụ onye a na-ewe ka ofeke. Ihe nke a pụtara bụ na onye ahụ anaghị esonyere ibe ya n'ihe ha na-eme. Ọ bụ nke a ka ndị Igbo ji asị na a tụọrọ ọmara ọ mara, mana a tụọrọ ofeke o fenye isi n'ọhịa. Nchọcha Chukwu gosiri na onye Igbo ọbụla amaghị ilu dịka onye nzuzu n'anya ndị Igbo. Onye ahụ so na ndị oso n'izu ama okwu. Ihe ọ pụtara bụ na ahịa ga na- aghọ onye dị etu a oge niile, maka na a ga na-aghọgbu ya ọtụtụ oge niihi na ọtụtụ nzukọ dị iche iche ndị Igbo na-eme bụ ilu ka ha ji ekwu ọtụtụ okwu ma kpebie ihe ha kwuru n'ajụghị ma o nwere onye anaghị aghọta ilu maọbụ na o nweghi. Ha kwenyere ma kwesie ike na onye Igbo ọbụla kwesiri ịghọta ilu Igbo. Ya bụ na o nweghi onye nwere ohere

ịkọwara mmadụ ilu. Ọ bụ ya ka ndị Igbo ji asị na onye a tụọrọ ilu kọwaara ya, a mara na ego e jiri lụọ nne ya lara n'iyi. Nchọcha ya bara ezigbo uru, maka na ọ ga-emeghe anya ọtụtụ ụmụafọ Igbo ndị anaghị aghọta ilu maọbụ jiri ya ekwu okwu ụbọchị ọbụla ka ha gbawa mbọ tinye uche n'ịmụ ilu Igbo.

N'otu aka ahụ, Umezi (2005), site na nchọcha o mere ịchịkọba ilu Igbo dị iche iche, kọwara etu ilu si dị mkpa na ndụ ndị Igbo. N'okwu ya, ọ sị na asụsụ Igbo gba ọtọ ma ọ bụrụ na e wepu ilu na ya. Ya bụ na ilu bụ uwe dị ebube a na-eyikwasa asụsụ Igbo ka o were dị mma na ntị ma nwee ugwu n'etiti asụsụ ndị ọzọ dị n'ụwa. Nke a mere o ji sị na onye na-asụ asụsụ Igbo n'etinyeghi ilu dịka onye na-elo ụtara n'ejighi ofe.Nchọcha Umezi ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwu n'ibeku ndị Igbo n'ogo dị iche iche ka ha gbaa mbọ mụta ma chekwaa ilu Igbo, maka na mgbe ọbụla ha tụfuru ya, ihe ọ pụtara bụ na ha atụfuola ihe dị oke mkpa n'asụsụ Igbo. A sị na anya ọkụkọ na-eche akwa ya; maka na onye tụfuo ihe o ji ama mma, mma ya arụọ.

**Itinye ilu Igbo n'okwu dị ka o si kwesi**

Ọ bụghị ịga ije nwaọbọgwụ bụ isiokwu, kama ọ bụ ime ndaghari nwaọbọgwụ maka na ichi ọzọ abụghị naanị ịgbanye eriri ọzọ n'ụkwụ. Otu ihe bụ ịmụta ilu Igbo dị iche iche, ihe nke ọzọ bụ ịmata etu e si etinye ilu ndị ahụ n'okwu Igbo ka ha were tinye ukoro ụtọ n'ụbụbọ. Ebumnoobi e ji eji ilu ekwu okwu abụghị iji kpaa ndị mmadụ ọchị, kama ọ bụ iji nye okwu ahụ echiche miri emi, ya na ka o were tọọ ụtọ na ntị.

Maka itinye ilu n'okwu Igbo etu o si kwesi, okwuu ga-ebu ihe olemaole n'obi. Nke mbụ bụ ndị ọ na-agwa okwu. Okwuu ga-amata ma ndị ọ na-agwa okwu ha abụ ndị okenye, ndị ntorobịa ka ha abụ ụmụaka. Ọ ga-atụle ma ha abụ ụmụnwoke ka ha abụ ụmụnwaanyị; bịakwa tụlee ka nghọta ha si dị. Ihe ọzọ okwuu na-ebu n'obi bụ oge ọ na-ekwu okwu ahụ. A sị na ọ bụ egwu dara n'ihu nwata ka nwata na-agba. Oge na-aga, ihe a na-agbanwo. Mgbanwo a na-emetụtakwuazi usoro obibi ndụ ndị mmadụ n'ụzọ dị iche iche. Ya bụ iji mee ka ilu dị ire, okwuu ga-agba mbọ tinye ilu metụtara oge a nọ n'ime ya n'ụbụbọ. N'otu aka ahụ, okwuu ga-ebukwuazi ebe ọ nọ were na-ekwu okwu ahụ n'obi. Gburugburu mmadụ nọ na ya na-emetụta ilu ndị na-ezipụta echiche dị mma n'ụbụbọ. Ilu bụ ihe ndị na-eme na gburugburu dị iche iche. Ya bụ na tupu ndị mmadụ aghọta ilu nke ọma, ha kwesiri inwe echiche nsiripu ilu ahụ, maka na ụfọdụ ilu nwere ike nwee echiche n'otu gburugburu ma ha enwela echiche dị etu ahụ na gburugburu ndị ọzọ. Ihe ọzọkwa okwuu ga-ebu n'obi maka itinye ilu n'okwu n'ụzọ kwesiri ekwesi bụ ihe kpatara o ji ekwu okwu ahụ. Ọ bụ etu anụ ọhịa si agba ọsọ ka e si agbanyere ya egbe. Ihe kpatara okwuu ji ekwu okwu ga-eme ka a mara ilu kwesiri ekwesi maka ya. Okwu ọbụla nwere ilu ga-enye

ya ukoro ụtọ. Ọ bụ ihe ndị a ga-enyere ya aka ịmata nke ọma ilu ndị ga-adaba adaba n'okwu ọ na-ekwu.

N'aka nke ọzọ, ọnụụ maọbụ ndị a na-agwa okwu kwesiri ibu n'uche na ihe kpatara okwuu ji etinye ilu n'okwu bụ iji nye okwu ahụ ukoro ụtọ na echiche miri emi. Ya bụ na ọ bụghị ime ka ndị mmadụ chịa ọchị. Nghọta ndị a ga-eme ka ọnụụ gbaa mbọ tinye uche n'okwu ndị ahụ ma gbaa mbọ ịghọta echiche ndịnime nke ilu ọbụla bu. Nke a ga-enyere ya aka ịghọta nke ọma ebe okwuu chere ihu ya mgbe ọ na-ekwu okwu.

**Ụzọe si amụilu n'oge ochie**

Asụsụ ire nne ọbụla bụ ihe a na-ebido na nwata amụ. N'oge ochie, mgbe agụmakwụkwọ n'usoro ndị Bekee abịabeghi n'ala Igbo, ndị Igbo na-eji oge ezumike dị iche iche amụta ihe dị iche iche gbasara asụsụ na usoro obibi ndụ ha. N'oge ahụ, egwu ọnwa na oge ezumike ndị ọzọ na-abụkarị ohere e ji eme nke a. Dị ka ihe sị dị n'oge ahụ, ọ na-agụ ụmụaka agụụ ịmụta ilu ọhụrụ tinyekwuo na nke ha mabu na mbụ. Nke a mere o ji agụ ha agụụ ịnọ ndị okenye nso ọtụtụ oge iji nụ ilu ndị si ha n'ọnụ apụta na kwa ịjụ ha ọtụtụ ajụjụ gbasara nsiripu na mpụtara ilu ndị ahụ. Etu a ka ọ dị tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo nke butere nhazi agụmakwụkwọ n'usoro Bekee.

Ka o sila dị, mgbe ndị ọcha wetara agụmakwụkwọ nke ọgbara ọhụrụ, nke dị n'ụdị ịmụta etu e si agụ na etu e si ede, asụsụ Igbo sokwa n'ọkpọkọpị asụsụ ndị ha kwadoro ka ọ gaa n'ihu. Nke a mere ha ji gbaa mbọ ịhazi ọtọgrafị Igbo ka e were nwee ike idepụta ma na-agụpụta mkpụrụokwu Igbo niile dị ka o si dị n'asụsụ mbaụwa ndị ọzọ. N'agbanyeghi mgbanwo ndị ọcha wetara n'usoro e si enye ụmụaka ọzụzụ, ọmụmụ ilu Igbo bụkwa ihe na-echu ụmụafọ Igbo ụra dị ka o si dị n'oge ochie tupu ndị ọcha abịa. Egwu ọnwa na kwa oge egwuregwu dị iche iche bụ oge ụmụaka ji ama aka ịchọpụta onye bụ ọkaibe n'etu e si etinye ilu n'okwu Igbo.Ya bụ tupu senchuri nke iri abụọ na otu, ụmụaka na-eji asọmmpi ilu eme egwuregwu ime ụlọ n'ụlọakwụkwọ ha dị iche iche n'oge ezumike, maọbụ na be ha dị iche iche.

Atụ etu e si amalite nke a bụ:

Onye nke mbụ: Tụ m ilu

Onye nke abụọ: Amaghị m ilu ma m tara olugbu maọbụọkazi.

Onye nke mbụ amalite. Ọ tụọ, onye nke abụọ atụọ. N'usoro dị etu a ka ha ga-emegide ya ganye na ike agwụ otu onye n'ime ha. Mgbe ha na -atụ ilu ndị ahụ, ụmụaka ibe ha na-anọ na-ekiri ha ma na-amụtakwuazi ilu dị iche

iche ndị ha amabughi na mbụ. Ka o si dị, onye ọbụla e meriri n'asọmmpi ịtụ ilu ọbụla na-eji ihere ala, ma kwado onwe ya nke ọma maka ụbọchị ọzọ.
Ọ bụ n'ụzọ dị etu a ka ụmụaka Igbo si enye onwe ha ọzụzụ n'asụsụ Igbo dị ka o si metụta iji ilu Igbo kwuo okwu.

**Uru dị n'itinye ilu n'okwu Igbo**

Ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Nke a pụtara na onye Igbo na-ekwu okwu n'asụsụ Igbo ma o jighi ilu ekwu ya dị ka onye na-elo ụtara n'ejighi ofe. Nke a gosiri na ilu na-ewepụta ebube dị n'asụsụ Igbo. Mgbe okwuu ji ilu Igbo achọ okwu ya mma, ọ na-eme ka ukoro ụtọ dị n'okwu ahụ pụta ihe ma dịkwuazi ụtọ na ntị.

Ọzọkwa, itinye ilu Igbo n'okwu ga-enye aka mee ka asụsụ Igbo gaa n'ihu ma nwee ogologo ndụ. Mgbe ndị mmadụ na-etinye ilu n'okwu n'asụsụ Igbo, ọ ga-eme ka asụsụ Igbo na-agụ ha agụụ mgbe niile. Ọ bụrụ na nke a emee, ọ ga-enye aka ka asụsụ Igbo gbawanye mgbọrọgwụ, maka na ịsụ asụsụ ọbụla oge niile dịka ịgba asụsụ ahụ mmiri ka o were dịwanye ndụ.

N'ịga n'ihu, iji ilu Igbo kwuo okwu ga-enye aka mee ka ndị Igbo jiri asụsụ Igbo na-anya isi. Ọ bụ ihe mmadụ kpọrọ nkịta ya ka ọ ga-aza. Maka na o nweghi onye na-asị na ofe nne ya tere atọghị ụtọ. Asụsụ niile dị n'ụwa ha nhatanha. O nweghi asụsụ ka ibe ya. Nke a mere o ji dị mkpa ka ndị Igbo jiri asụsụ Chukwu jiri chọọ ha mma na-anya isi. Nke a ga-aka pụta ihe ma ọ bụrụ na ha jiri ilu Igbo na-ekwu okwu.

**Mgbanwo ọjọọmetụtara ụzọe si etinye ilu Igbo n'okwu**

Onye amaghị ihe a na-eme, e were ya mewe ihe a na-eme. Onye kpọọ ọba ya ọkpọkọrọ, ndị mmadụ ewere ya kpowe ntụ. N'oge ochie, ya bụ tupu senchuri nke iri abụọ na otu, ndị Igbo ji asụsụ Igbo anya isi. Nke a mere na ebe ọbụla onye Igbo bi, ọ ga-agba mbọ na-asụ asụsụ Igbo. Ọ mụta nwa, nwa ahụ ga na-asụ asụsụ Igbo. Ọ bụ nke a mere ha ji etinye uchu n'ịmụta ilu Igbo ma jiri ya na-ekwu okwu.

Ka o sila dị, e nwere oke mgbanwo batara n'usoro obibi ndụ ndị mmadụ na senchuri nke iri abụọ na otu, nke mere ka anya ndị mmadụ na uche ha dị na sayensi na nkanụzụ. Nke a pụtara ihe n'ọnya njikọ na ịpị igwe kọmputa. Asụsụ ndị kara pụta ihe n'ime nke a bụ asụsụ Bekee, Frenchi, Jamini na Chaịnisi. Nke a mere ka anya ndị mmadụ pụọ n'asụsụ Igbo, lewezie n'asụsụ mbaụwa ndị ọzọ e ji apị igwe komputa. Nke a bụ iji hụ na ha sonyere nke ọma na mbọ a na-agba ka ụwa bụrụ otu. Ọ bụ n'ebe a ka uchu ndị mmadụ na-echu maka ịmụta ilu Igbo na kwa itinye ya n'ọrụ

bidoro nyụwa ka ọkụ a wụrụ mmiri.

Ọ bụ ihe na-agba anya mmiri na ọtụtụ ndị Igbo, ọ kachasị ndị ebighi n'ala Igbo amaghị asụ asụsụ Igbo taa. Ebe ọ dị etu a, keduzi maka itinye ilu Igbo n'ọrụ mgbe ha na-ekwu okwu. Mmadụ amaghị asụ asụsụ Igbo bụ ihe e ji eme ọnụ taa. Ebe ọ nọ jọgbuo onwe ya bụ na ịsụ asụsụ Igbo na-emeziụfọdụ ndị Igbo ihere. Nke a bụ ajọ nwa si owere banye nne ya n'afọ. A na-ebe akwa na nkịta mụrụ otu, ọ tagbuo nke ọ mụrụ amụ.

Ọnọdụ ọjọọ a meziri ka iji ilu Igbo kwuo okwu bụrụzie ihe e ji akpa ọchị. Ọtụtụ oge, ndị ọkaokwu asụsụ Igbo jiri ilu kwuo okwu, kama ndị a na-agwa okwu ga-echemi echiche ime iji ghọta ihe ilu ahụ pụtara, ha akụwa aka ma chịwakwuazi ọchị. Nke a abụghị ezigbo akara. O so n'ihe ndị na-etinyere asụsụ Igbo ụkwụ ka o were daluo ala.

**Ọghọm dị n'etinyeghi ilu Igbo n'okwu Igbo etu o si kwesi**

E tinyeghi ilu Igbo n'okwu Igbo bụ nnukwu ọghọm nye uto na mbawanye asụsụ Igbo. Na mbụ, etinyeghi ilu Igbo n'okwu Igbo na-ewetu ugwu dị n'asụsụ Igbo. Ugwu asụsụ ọbụla nwere na-aka apụta ihe n'ukoro ụtọ na-adị n'asụsụ ahụ mgbe e ji ya ekwu okwu. Ebe ilu bụ ihe na-etinye ukoro ụtọ n'asụsụ Igbo; ọ bụrụ na e tinyeghi ilu n'okwu Igbo etu o si kwesi, ihe ọ pụtara bụ na ụtọ na ebube asụsụ Igbo agaghị apụtacha ihe na ya bụ okwu.

Ọzọkwa, e tinyeghi ilu n'asụsụ Igbo etu o si kwesi ga-enye aka n'ịchụla asụsụ Igbo. Ilu bụ ihe na -enye asụsụ ọbụla ndụ. Iji ilu Igbo kwuo okwu dịka ịgba asụsụ Igbo mmiri ka o were na-eto ma nwee ogologo ndụ. Ihe ọ pụtara bụ na onye anaghị etinye ilu n'okwu Igbo bụ mma ka ọ na-egbu asụsụ Igbo ka ọ nwụọ pịịị.

N'otu aka ahụ, amaghị etu e si etinye ilu n'okwu Igbo na-eweta ịda mba na kwa obi ịjụ oyi n'ịsụ asụsụ Igbo. Ụfọdụ oge, ndị amaghị etinye ilu n'okwu Igbo na-ahụta ịsụ asụsụ Igbo dị ka ibu ibu dị arọ. Nke a na-eme ka ndị dị etu a na-asụ asụsụ Bekee ọtụtụ oge karịa asụsụ Igbo bụ asụsụ ire nne ha.

**Ụzọenwere ike isi kwalite itinye ilu n'okwu Igbo n'oge ugbu a**

Ọ bụrụ na e gbughi ngwere nwere ọdụdụ abụọ, nke nwere ọdụdụ atọ ga-apụta. Ọ bụ ihe jọgburu onwe ya ma mmadụ rigide n'efere nkụwa, o riwe n'ala. Onye gakatara n'ihu laghachiwe azụ bụ ọdịda ka ọ na-ada. N'oge ochie, asụsụ Igbo bụ ihe ndị Igbo ji eme ọnụ. Mana ugbu a, onye Igbo sụọ Igbo ụfọdụ elelịa ya anya ka onye yi azụ efe. Onye tụzie ilu ebe ọ na-ekwu okwu, ndị mmadụ achịwa ya ọchị. Ilu kwesiri ịbụ ebube asụsụ

Igbo bụrụzie ihe e ji eme ejije na akaje.A sị na o si taa dịwa mma, ọ dịwara gboo. Ọ bụrụ na mmiri ezoghi, chi ka dị. E nwere ụfọdụ ihe e kwesiri ime ka ugwu ilu Igbo nwere n'okwu Igbo laghachitekwa azụ. Na mbụ, ndị Igbo ga-ebugodu ụzọ hụ asụsụ Igbo n'anya ma were ya na-eme ọnụ. Nke a ga-amalite site na ndị nne na nna ịsụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ezinaụlọ ha dị iche iche. Ọ bụrụ na ụmụaka were asụsụ Igbo too dị ka asụsụ ire nne, ha ga-achọ ihe ndị ga na-etinye ukoro ụtọ n'okwu ha ga na-ekwu. Ihe ndị nwere ike ime nke a bụ ilu na akpaalaokwu dị iche iche. Nke a ga-eme ka iji ilu Igbo kwuo okwu na-agụ ha agụụ mgbe ọbụla.

Ọzọkwa, ndị nne na nna ga-agba mbọ na-ewepụta oge maka ọzụzụ ụmụaka n'ezinaụlọ ha dị iche iche. Ọ bụ ihe na-agba anya mmiri na ụlọakwụkwọ na ụlọegwuregwu dị iche iche na-eweghara ọnọdụ nne na nna n'ihe gbasara ọzụzụ ụmụaka ha. Ụdị ọrụ Bekee dị ugbu a na kwa usoro obibi ndụ ọgbara ọhụrụ meziri ka ọtụtụ nne na nna ghara inwe ohere ha na ụmụ ha inwe nnọkọ zuru oke ebe ha ga-anọ were na-enye ha ọzụzụ dị iche iche, na kwa ịkọrọ ha akụkọ ala dị iche iche nke ndị nkụzi nọ n'ụlọ akwụkwọ agaghị enwe ike ịkọrọ ha. Ya bụ, ndị nne na nna ga-agba mbọ wepụta ohere maka ọzụzụ ụmụ ha.

Ndị gọọmenti na ndị ọzọ agụmakwụkwọ dị n'aka ga-agba mbọ na-achịkọba asọmmpi nrụrịtaụka n'ogo dị iche iche n'ụlọakwụkwọ ndị dị n'ala Igbo na kwa ebe ndị ọzọ ndị Igbo bi. Na nrụrịtaụka dị etu a, a ga - ahụ na itinye ilu n'okwu ga-eso n'ihe ga-ebu akara dị elu maka ituru ugo mmeri. Nke a ga-eme ka ndị ga-eso n'asọmmpi ahụ gbaa mbọ mụta ka e si etinye ilu n'okwu Igbo iji hụ na ha bụ ndị ga-enwe mmeri mgbe ọbụla ha sọrọ mpi. Ọzọkwa, ha ga-agbakwuazi mbọ hụ na amụmamụ ilu Igbo so na ngalaba ihe ọmụmụ a ga-ewebata n'usoro agụmakwụkwọ n'ogo dị iche iche maka inye asambo dị iche iche. Nke a ga-enye aka mee ka ndị mmadụ nwee mmasị ịgụ na kwa ịmụta ilu Igbo nke ukwu ma hụ na ha ji ya ekwu okwu oge ọbụla.

**Nchịkọta**

N'edemede a, nwanchọcha gbara mbọ zipụta ọnọdụ dị egwu itinye ilu Igbo n'okwu dị na senchuri nke iri abụọ na otu. Nchọcha a gbara mbọ wepụta ọnọdụ dị ugwu ilu Igbo na-etinye n'okwu Igbo mgbe ọbụla ọ dị na ya. Site na nchọcha a, o doro anya na n'oge ochie, ụmụaka na-agba mbọ ịmụta na kwa itinye ilu Igbo n'ụbụbọ mgbe ọbụla ha na-ekwu okwu. E nwekwuaziri usoro dị iche iche e si amụta ilu Igbo n'oge ochie.

Ka o sila dị, na senchuri nke iri abụọ na otu, mgbanwo ọjọọ malitere batawa n'usoro e si etinye uchu n'iji ilu Igbo kwuo okwu n'asụsụ Igbo. Nke a mezikwuru na ụfọdụ oge onye jiri ilu Igbo kwuo okwu, ọ dị ka onye ahụ a na-akpa ndị mmadụ ọchị. Ọnọdụ dị etu a nwegasịrị ọghọm so ya aga, dị ka o si pụta ihe na nchọcha a.

N'ịga n'ihu, nwanchọcha gbara mbọ tụpụta atụmatụ ga-enye aka gbochie nsogbu ejighi ilu Igbo ekwu okwu mgbe a na-asụ asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na a gbasoo usoro ndị ahụ, ọ ga-enye aka mee na ụmụafọ Igbo laghachiri n'amụmamụ ilu Igbo na kwa itinye ilu Igbo n'ụbụbọ mgbe ọbụla ha na-asụ asụsụ Igbo.

## Mmechi

O doro anya na nwanchọcha gbara mbọ mejupụta ebumnobi o jiri bagide nchọcha ya; nke bụ ịchọpụta nsogbu metụtara ọdịda ilu Igbo na senchuri nke iri abụọ na otu. E mere nchọcha a mgbe o kwesiri. Nke a bụ iji meghee anya ụmụafọ Igbo ịchọpụta nsogbu dị n'ejighi ilu Igbo ekwu okwu mgbe ha na-asụ asụsụ Igbo. Nke a ga-enye aka mee na ha na-etinye uchu n'ịmụ ilu Igbo na kwa n'ịgba mbọmee na ha na-etinye ya n'ọrụnke ga-eme ka asụsụ Igbo na-etowanye.

## Edensibịa


Achebe, C. (1958). *Things fall apart*. New Hampsphere: Heinemann.

Anugom, O.A. (2010). *Ahụ mmadụ: Nsọpụrụ kwesiri ya*. Owerri: Odenigbo Lectures.

Arinze, F. A. (1979). *Sacrifice in Ibo religion*. Ibadan: University of IbadanPress.

Basden, G. T. (1921). *Among the Ibos of Nigeria*. Onitsha: University Publishing Company.

Chukwu, C. (2014). *Igbo oratory*. Enugu: ABIC Books & Equip.

Davids, P. K. (1980). *Ilu Igbo – N'ime Igbo (The text book of Igbo proverbs)*. Onitsha:University Publishing Company. Echebima,

G. (2015). *A textbook of Igbo linguistics*. Owerri: Assumpta Press.

Edeh, E. M. P. (1985). *Towards an Igbo metaphysics*. Chikago: Loyola University Press.

Ejiofo, P. (2015). *Ajọ ọrịa ji asụsụ Igbo: Okenye ịnọ n'ụlọ ewu na-amụ n'ọgbịrị*. Awka: Valid Publishng Company.

Ezema, T.O. (2012). *Nkụzi agụmagụ ọdịnaala Igbo*. Kotangora: Victory Press.

Igbo, P.C. (2012). *Elements of Igbo culture and tradition*. Onitsha: Goodmark Printers.

Kanu, I, A. (2015a).*African philosophy: An ontologico-existential hermeneutic approach to classical and contemporary issues.* Jos: Augustinian.

Kanu, I. A. (2017). "Sources of igwebụike philosophy: Towards a socio-cultural foundation". N' *International Journal of Religion and Human Relations. Vọl.9 nọ 1: 1-23.*

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azụonye: Lectures on Igbo literature and stylistics.* Nsukka: University of Nigeria Press.

Mbiti, J. S. (1970). *African religion and philosophy*. Nairobi: East African Educational Publishers.

Nwadike, I.U. (1981). *Ntọala na nnyocha ọgụmagụ.* Ihiala: Deo GratiaPublishers.

Nwadike, I.U. (2009). *The Igbo proverbs-A wider perspective.* Nsukka: PascalCommunications

Nwala, T.U. (2010). *Igbo philosophy – The philosophy of Igbo speaking people*. New York: Triatlantic Books.

Obiechina, E. (1975). *Culture, tradition and society in the West African novel*. Cambridge:Cambridge University Press.

Ofomata, Ch. E. (2004). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị siniọ sekọndịrị*. Enugu: Format Publishers.

Ofomata, C. E. (2016). *Nsirinweta ilu Igbo (Ilu Igbo, nkọwa ya na nsirinweta ya)*. Enugu: Goldfinger Publications.

Okafor, R. C. & Osondu, S. I. (2013). *Ilu ndị Igbo*. Enugu: Academic Publishing Company.

Olugbamigbe, Y.S. (2003). "Four decades in the study of language and linguistics in Nigeria". N'Ozo-Mekuri Ndimele (ọhz.). *A festschrift for Kay Williamson*. Aba: National Institute for Nigerian Languages.

Umezi, P. I. (2005). *Ọba ilu Igbo.* Enugu: Oktek Pub.

# “MWEPỤ” N’ỤTỌASỤSỤ NNWOGHARỊ

**Thecla Ngọzị Udemmadu**

**07038296805**

**tn.obiora@unizik.edu.ng**

**theclaudemmadu@yahoo.com**

**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia**

**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka, Naịjirịa**

na

**Nkiru Ugwu**

**08037893301**

**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia**

**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka, Naịjirịa**

## Ụmịedemede

Nchọcha a nke isiokwu ya bụ “Mwepụ n’ỤtọasụsụNnwogharị” lebanyere anya n’ọnọdụ mwepụ dịka otu n’ime agba mgbanwe n’ahịrịokwu Igbo ga. Mwepụ bụ mgbanwe n’ụtọasụsụ nke na- eme ka okwu dịbu n’agba ala pụọ ma mee ka ọ ghara ịpụta ihe n’agba elu ahịrịokwu ahụ. Atụmwepụn’ụtọasụsụ nnwogharị gụnyere: ntimiwu, mbugharị nnara na orite na kwa mwepụ site n’oyiyi. Nchọcha a bu n’uche ịchọpụta ụdị mwepụ dị iche iche e nwere n’ụtọasụsụ Igbo na kwa ọnọdụ ha n’ebe ụtọasụsụ Igbo

dị. Nchọcha a gbara mbọ iji ọmụmaatụ doro anya zipụta ụdị mwepụ atọ ndị ahụ dị iche iche n'ahịrịokwu Igbo ga, ma lebakwaa anya na nkebiahịrị kenkọwa ma kọwaa ụdị ya abụọndị bụ ahịrịisi na ahịrịnkwọ. Nchọcha a nwetara ngwa nchọcha ya site n'edemede nchọpụta dị iche iche ndị odeederela. Nchọcha a chọpụtara n'ezie na e nwere ụdị mwepụ atọ kpọmkwem n'ụtọasụsụ nnwogha Igbo. N'ikpeazụ, nchọcha a site na nchọpụta ya kwenyere na ụmụ akwụkwọ ngalaba sayensị asụsụ ga-esite na ya mata ihe omimi banyere mwepụ na kwa ọnọdụ ya n'ebe ụtọasụsụnnwogharị dị.A tụziri aro ka ndị nchọcha n'ọdịniihu lebanyekwuo anya n'isiokwu nchọcha a iji chọpụta ihe ndị ọzọ nchọcha a achọpụtaghị banyere isiokwu a.

**Mkpọlite**

Atụtụ ụtọasụsụnnwogharị na-akọwa na ọ bụghị mgbe niile ka okwu niile na-enye ahịrịokwu echiche na-apụta ihe n'ihe a na-akpọpụta mgbe a na-ekwu okwu (Mbah na Mbah, (2014). Noam Chomsky dịka onye a maara nke ọma n'ebe ndọkọokwu dị bụ ya wepụtara atụtụ ụtọasụsụnnwogharị n'afọ 1957 nke nwerela mmetụta pụrụ iche n'ịkwalite ọmụmụ na nghọta nnọrọonwe. Ụtọasụsụ bụ ntọala na iwu asụsụ na-egosipụta ọmụma ndị nwe asụsụ nwere banyere asụsụ ha. Ya mere, atụtụ ụtọasụsụnnwogharị batara iji gbaa n'anwụ ihe ndị zoro ezo n'asụsụ n'oge a na-asụ ya asụ. Ndị nkwado ya na-arụ ụka na tupu a kọwaa ahịrịokwu nke ọma na a ga-agụsịpụta mkpụrụokwu na kwa mgbakwunye okwu niile na-enye ya bụ ahịrịokwu echiche. Ya bụ na tupu a kọwaba ahịrịokwu ọ bụla, a ga-akpọliterịrị agba atọ yabụ ahịrịokwu gabigara. Agba atọ ndị a bụ: agba ala, agba elu na agba mgbanwe.

Agba mgbanwe na-akọwa na ọ bụghị mgbe dum ka ahịrịokwu na-enwe echiche na agba ala ya. N'ihi ya, ọ dị mkpa na a ga-agbanwe ọdịdị ya, iji mee ka otu ọgbara okwu ahụ nwee ezi echiche ma kwe mkpọpụta. Mgbanwe gụnyere ibugharị mkpụrụokwu site n'otu akụkụ ahịrịokwu gaa n'akụkụ ọzọ. Mgbanwe nwere ike ịbụ iwepụ ihe dị n'agba ala ahịrịokwu ma mee ka ọ ghara ịpụta mgbe a na-akpọpụta ahịrịokwu ahụ. O nwekwara ike ịbụ ịgbakwunye okwu adịghị n'agba ala ahịrịokwu ya. Nnwogha anọ ndị a ka a na-akpọ: mbụgharị, mwepụ, mgbakwunyere, na mgbanwerịta n'otu n'otu. E nwere ike ịkpọ ha "m4 usoro okwu". Edemede a ga-eleba anya kpọmkwem na "mwepu" dịka otu n'ime ngalaba nnwogha.

**Nkọwa mwepụ**

Mwepu bụ mgbanwe n'ụtọasụsụ nke na-eme ka okwu dibu n'agba ala pụọ ma mee ka ọ ghara ịpụta ihe n'agba elu ahịrịokwu ahụ. Ndimele(1999) kọwara "mwepụ" dịka usoro e si ewepụ mkpụrụokwu

ụfọdụ oge a na-enwe mgbanwe maọbụ nnwoghari̩. Mgbanwe pụtara iwepụta otu akụkụ mado n'ibe ya site n'itinyeghari̩ ya n'usoro dabara adaba, mgbakwunye maọbụ mwepụta akụkụ ya. Mgbanwe nke metụtara “mwepụ” bụ iwu ndeghari̩ nwere nkwuwa. Nwala (2004) kọwara mgbanwe di̩ka ọnọdụ nnara na orite ntimiwu, mwepụ site n'oyiyi nke metụtara mkpọaha na ngwaa. Nwala(2004) na Anagbogu, Mbah na Eme (2010) kwekọri̩tara na mgbanwe ọnọdụ nnara na orite bụ nke metụtara mgbanwe n'ọnọdụ nnara na nnapụta. Mbah na Mbah(2014) kọwara “mwepụ” di̩ka mgbanwe n'ụtọasụsụ nke na-eme ka okwu di̩bu n'agba ala ahi̩ri̩okwu pụọ ma mee ka ọ ghara i̩pụta ihe n'agba elu ahi̩ri̩okwu ahụ. Ha chọpụtara ntimiwu mwepụ site na mbughari̩ nnara na orite na mwepụ site n'oyiyi. Ọ bụ n'ihi mpụtara a ka Onwudiwe(2015) jiri kpọọ ya nnwoghari̩ kama mgbanwe. Emenanjọ (1978) kọwara ya di̩ka mgbanwe gburugburu nke mere ka ihe ahụ nwee ọnọdụ ka mma maọbụ baa uru nke ukwuu. Nke a gosiri na mgbanwe maọbụ nnwoghari̩ bụ ọnọdụ mgbanwe na-apụta na ndokọ omimi maọbụ agba ala metụtara usoro ndokọ na usoro nghọta ahi̩ri̩okwu. Anagbogu,na ndi̩ ọzọ (2010) tinyere mgbanwe n'ọnọdụ nnara na orite. Agbedo (2000) kọwara “mwepụ” di̩ka iwepụ akụkụ ụfọdụ na ndokọ omimi. Aha ọzọ a na-akpọ ndọkọ omimi bụ agba ala. Mbah na Mbah (2014) kọwara agba ala di̩ka ebe a na-egosipụta mkpụrụokwu na mgbakwunye ụtọasụsụ mejụpụtara ahi̩ri̩okwu na mbido ya. Udemmadu (2014) kọwara ndokọ omimi di̩ka asụsụ ụtọasụsụ ebe a na -egosipụta ihe niile mere ka ekwurekwu nwee nghọta zuru oke. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) hụtara na ndokọ omimi maọbụ agba ala bụ akụkụ ụtọasụsụ ebe ihe niile na-eme ekwurekwu ka o nwee nghọta na-apụtacha ihe. Ya mere, a ga-asi na ndọkọ omimi bụ akụkụ ahi̩ri̩okwu zoro ezo, a naghi̩ ahụ ya kama ọ di̩ n'uche tupu e kwupụta ya. Nwala (2004) na Anagbogu na ndi̩ ọzọ (2010) kwekọritara na mgbanwe ọnọdụ nnara na orite metụtara mgbanwe n'ọnọdụ nnara nnapụta.

**Nchọcha e merela n'isiokwu a**

Ogbu(2012) dere n'isiokwu “mwepụ” n'asụsụ Igbo i̩gbaso usoro iwu ụtọasụsụ mgbanwe. N'ebe a, o metụgasi̩ri̩ aka n'ihe bụ atụtụ ụtọasụsụ mgbanwe, ntọala ya, ogogo ya di̩ iche iche na ka ha siri metụta asụsụ. O jiri asụsụ Bekee dee ya mana o webatatụrụ asụsụ Igbo. Waya (2010) mere nchọcha n'isiokwu, mwepụ n'asụsụ Tiv wee chọpụta usoro ntimiwu, “mwepụ” nnara (equi-VP) na orite (equi-NP) n'okpuru ọnọdụ enweghi̩ njedebe di̩ n'asụsụ. Ọ gbara mbọ wepụtasi̩a ihe ndi̩ a.

Newton (2011) mere maka mmafe mgbakwunye n'obodo Irish n'oge gboo wee chọpụta na e nwere mmekọri̩ta di̩ n'etiti mmafe mgbakwunye nke obodo ahụ na asụsụ Bekee ebe ọ chọpụtara na “T” na-

agbadata ka "V" oge a na-eme nkwekọrịta na tensi mana o nyeghị ọmụmaatụ doro anya iji kọwaa nchọpụta ya nke ọma.

**Mwepụ n'ụtọasụsụ nnwogharị**

N'ebe a ka a ga-eme ntụcha etu "mwepụ" si apụta ihe n'ụtọasụsụ Igbo. Atụtụ mwepụ dịka otu n'ime ngalaba agba mgbanwe gụnyere:

- Mwepụmetụtara ntimiwu
- Mwepụmetụtara mbụgharị nnara na orite
- Mwepụmetụtara oyiyi

**i) Mwepụmetụtara ntimiwu**

N'ahịrịokwu ọ bụla zipụtara iti iwu na kwa ịmanye mmadụ ka o mee ihe dị aṅaa, a na- ewepụ ọnụụ na nnyemakangwaa n'agba elu ya bụ ahịrịokwu. Nke a ga-eme ka ahịrịokwu ahụ ghara ịdịzị ka ọ dị n'agba ala. ọmụmaatụ:

| | |
|---|---|
| 1a Ị ga-eri nri | (Agbaala) |
| 2a Ị ga-alụ dị | (Agbaala) |
| 3a Ọ ga-agba bọọlụ. | (Agbaala) |

Mgbanwe

| | |
|---|---|
| (1b) Rie nri | (Agbaelu) |
| (2b) Lụọ di | (Agbaelu) |
| (3b) Gbaa bọọlụ | (Agbaelu) |

N'ahịrịokwu1b,2b,3b ndị bụ agba elu, nke agba ala ahịrịokwu 1a,2a,3a, e nwere mwepụ okwu ndị a: isiahịrị ha (Ị, Ọ), na kwa nnyemakangwaa'ga-', dịgasị na ha n'otu n'otu tinyekwara mwepụ nganiihu (e,a, a) dịgasị na ha, bịazie n'ikpeazụ gbakwunye nsonaazụ (e, ọ, a) na ha n'otu n'otu. Nke a meziri ka ahịrị nkwusa ndị ahụnwogharịa ghọrọ ntimiwu. Mgbanwe niile ahịrịokwu ndị a gabigara bụ nnwogharị.

(ii) **Mwepụ metụtara mbugharị nnara na orite**

N'ibugharị ọnọdụ orite na nnara, a na-ewepu mbuụzọ dị n'agba ala ahịrịokwu ahụ mee ka ọ ghara ịpụtazị n'agba elu ya bụ ahịrịokwu. N'Igbo, nke a na-apụta ihe mgbe "maka", "banyere" na "gbasara" na-arụ ọrụ ka mbuụzọ. Ọmụmaatụ:

4a Ibe tereofe maka nna ya.

5a O tiri mkpu banyere agwa ọjọọ ahụ.

6a Ha were iwe gbasara omume ọjọọ ahụ.

Mgbanwe

(4b) Ibe teere nna ya ofe.

(5b) O tiiri agwa ọjọọ ahụ mkpụ

(6b) Ha weere omume ọjọọ ahụ iwe.

N'ahịrịokwu 4b,5b na 6b, e wepụrụ "maka", "banyere" na kwa "gbasara" ma gbaa nje ụdaume 'e' 'i' na 'e' dịgasị n'isingwaaiji nwete 'teere', 'tiiri' na 'weere'. Nke a nyeere orite na nnara aka ịnọgharịa ọnọdụ n'ahịrịokwu ndị ahụ.

(iii) **Mwepụmetụtara oyiyi** A na-ewepụ ewumewu ndị kwesịrị ekwesị yitere onwe ha mgbe ọ bụla e nwere ewumewu abụọ maọbụ karịa yitere onwe ha n'ahịrịokwu, nke a bụ iji gbochie kwunkwugharị ịbata na ya bụ ahịrịokwu.

Mwepụ site n'oyiyi dị ụdị abụọ ndị a:

a. Mwepụ oyiyi nkebi ahịrị kemkpọaha

Mgbe ọ bụla otu mkpọaha na-arụ ọrụ dịka isiahịrị maọbụ nnara n'ahịrịokwu abụọ maọbụ karịa a chọrọ ijikọ ọnụ, a na-ewepụ mkpọaha ndị dị n'ahịrịokwu ndị ikpeazụ. Nke a na-eme ka kwunkwugharị ghara ịbata n'ahịrịokwu dị etu a. Ọmụmaatụ:

7a Ibe churu mmiri, Ibe zara ụlọ na Ibe siri nri.

8a Ha bịara ebe a, ha tiri m ihe na ha gbapụrụ ọsọ.

9a Nne m gara ahịa, nne m zụtara ede na nne m tere ofe.

Mgbanwe

(7b) Ibe churu mmiri, zaa ụlọ ma sie nri

(8b) Ha bịara ebe a, tie m ihe ma gbapụ ọsọ.

(9b) Nne m gara ahịa, zụta ede ma tee ofe.

N'ahịrịokwu 7b,8b na 9b, e wepụrụ mkpọaha abụọ abụọ (Ibe, Ha, Nne m) n'ahịrịokwu abụọ ndị ikpeazụ, nke a mere ka a ghara inwe kwunkwugharị n'ahịrịokwu ndị ahụ.

b. Mwepụ oyiyi nkebi ahịrị kengwaa

Mgbe ọ bụla ahịrịmfe abụọ maọbụ karịa chọrọ ịmakọ ọnụ nwere nkebi ahịrịokwu kengwaa yitere onwe ha, a na-ewepụ ụfọdụ kwesịrị ekwesị iji gbochie ogologo okwu n'ụbụbọ.

Ọmụmaatụ:

(10a)Adakụ gara ahịa na Ijeọma gara ahịa.

(11a)Chike gburu eke na Obika gburu eke.

(12a)Chima ga-abịa ebe a na Ebere ga-abịa ebe a.

(13a)Okoro gotere ede; Okeke gotere ede.

(14a)Ha na-eri ụtara; ha na-eri osikapa.

Mgbanwe

(10b) Adakụ na Ijeọma gara ahịa.

(11b) Chike na Obika gburu eke.

(12b) Chima na Ebere ga-abịa ebe a.

(13b)Okoro na Okeke gotere ede.

(14b)Ha na-eri ụtara na osikapa.

N'ahịrịokwu10b,11b na 12b, e wepụrụ "gara ahịa", " gburu eke", "ga-abịa", "gotere" na "na-eri", iji mejupụta iwu ụbụbọ, nke anaghịachọ ogologo okwu ọkachasị mgbe e nwere ike iji obere okwu rụọ otu ọrụ ahụ.

(iv) E nwere nkebiahịrị kenkọwa

N'ahịrịokwu ọ bụla nọ n'ụdị ọnọdụ a, a na-enwe ahịrị abụọ ndị a: ahịrịisi na ahịrịnkwọ

Nkebiahịrị dị n'ahịrị abụọ a bụ otu ihe ka ha na-arụgara aka. Ọ bụkwa nnọchiaha kenkọwa na-agba ama ahịrịnkwọ. Nnọchiaha na nkebiahịrị keaha dị n'isiahịrị bụ otu ihe. E nwere nkebiahịrị kenkọwa isiahịrị, nwee nkebiahịrị kenkọwa nnara.

15. Ịmaatụ: Nwata ahụ (nke) kparịrị nna ya bụ nwa ọjọọ.

Ahịrịisi - Nwata ahụ bụ nwa ọjọọ
Ahịrịnkwọ -Nwata ahụ kparịrị nna ya

Ndokọ dị omimi - Nwata ahụ (nwata ahụ kparịrị nna ya) bụ nwa ọjọọ. A ga-enwe mwepu nkebiokwu keaha yiri onwe ha (nwata ahụ), wee nwete;

Ndokọ elu - Nwata ahụ kparịrị nna ya bụ nwa ọjọọ.

N'atụ a, e wepụrụ "nwata ahụ" dị n'ahịrịnkwọ mgbe achọrọ ijikọ ahịrịnkwọ na ahịrịisi ka ha bụrụ otu ahịrị.

**Nkebiahịrị kenkọwa nnara**

Na nke a, ọ bụ nnara dị n'ahịrị nke mbụ na nnara dị n'ahịrị nke abụọ na-abụ otu ihe. Dịka aha ya siri dị, ụdị nkebiahịrị a na-agbado ụkwụ na nnara. Ịmaatụ:

16. 'Eze onye nkita tara gara ụlọọgwụ'

Ahịrịisi - Eze gara ụlọọgwụ
Ahịrịnkwọ- Nkịta tara Eze
Ndokọ okpuru - Eze (nkịta tara Eze) gara ụlọọgwụ
Ndokọ elu - Eze nkịta tara gara ụlọọgwụ

N'atụa, e wepụrụ "Eze" dị n'ahịrịnkwọ na ndokọ okpuru mgbe e mebere ndokọ elu ahịrịokwu ahụ.

**Nchịkọta**

Nchọcha a nke lebara anya n'ọnọdụ mwepụ n'ụtọasụsụ nnwogharị chọpụtara na e nwere ụdị mwepụ atọ ndị a: ntimiwu, mbugharị nnara na orite na kwa mwepụ site n'oyiyi. Nchọcha a chọpụtakwara na mwepụsite n'oyiyi dị ụdị abụọ ndịa: mwepụ oyiyi nkebiahịrị kemkpọaha na mwepụ oyiyi nkebiahịrị kengwaa. Ihe ọ pụtara bụ na okwu mmadụ kwuru abụghị etu e siri kwue ya ka ọ dị kama o nwere ụdị mgbanwe dị iche iche okwu ahụ gabigara nke mwepụ bụ otu n'ime ya. Mwepụ ndị ahụ na-apụta na ndokọ okpuru, ma ha anaghị apụta na ndokọ elu.

**Mmechi**

Nchọcha a site na nchọpụta ya kwenyere na ụmụakwụkwọ ngalaba sayensị asụsụ ga-esite nanchọcha a ghọtakwue ihe omimi banyere mwepụ na kwa ọnọdụ ya n'ebe ụtọasụsụnnwogha dị. Atụkwara aro ka ndị nchọcha n'ọdịniihu lebanyekwuo anya n'isiokwu nchọcha a iji chọpụta ihe ndị nchọcha a achọpụtachaghị.

**Edensibịa**


Agbedo, C.U.(2000). *General linguistics: An introductory reader*. Nsukka ACE Resources Konsult.

Anagbogu, P.N, Mbah, B.M., & Eme, C.A (2010). *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka Dreams.

Chomsky, N. (1957). *Syntactic strucures*. Mouton: The Hague.

Emenanjo, E.N (1978). *Elements of modern Igbo grammar*. Ibadan: Oxford University Press.

Jackendoff, Ray (1977). *X-Bar syntax: A study of phrase structure*. Cambridge: MIT Press.

Mbah, B.M. (2012). *GB Syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Enugu: CIDJAP Press.

Mbah, B.M&Mbah, E.E (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Ndimele, O. M. (1991). *A first course on morphology and syntax*. Port Harcourt: Emhai Printing and Publishing.

Newton, G. (2011). "Accounting for do-support post-syntactically.Evidence from Irish". *Proceedings of the 32nd annual Pennsylvanian linguistics colloquim, Vol.15*. Pennyslyvania: University of Pennsylvanian press,ihu 163-172.

Nwala, M.A. (2004). *Introduction to linguistics: A first course*. Abakiliki: Wisdom Publishers.

Nwala, M.A (2004). *Introduction to syntax: The students'guide*. Abakiliki: Wisdom Publishers.

Ọnwụdiwe, G. (2015). Nkụzị ndị afọ nke anọ na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Udemmadụ, T.N. (2014) Nkụzi na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Waya, D.T. (2010). "Deletion in Tiv: A transformational analysis." Akwụkwọ Ngụpụta maka nzere MA, Ngalaba Linguistics, Igbo na asụsụ Naijirịa ndị ọzọ, Mahadum Naijirịa, Nsụka.

# MMETỤTA ASỤSỤ BEKEE NA-EMETỤTA NKUZI NA ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO NA SINỊỌ SEKỌNDỊRỊ N'OKPURU ỌCHỊCHỊ IGBO ETITI, STEETI ENUGWU

**Christian E. C. Ogwudile (PhD)**

Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Igbo na Eshia

**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**

**08037468693**

**cec.ogwudile@unizik.edu.ng**

**Na**

**Chimankpam JulietDidiugwu**

**Ngalaba Ọmụmụ Asụsụ Igbo nke**

**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka dị na**

**KọleejiKeedukeshọn (Tekinịkal), Steeti Enugwu**

**Ụmịedemede**

Nchọcha a lebara anya na mmetụta asụsụ Bekee na-emtuta nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Sịnịọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị

Igbo Etiti nke Steeti Enugwu. E jiri usoro sovee mee nchọcha a. Nwa nchọcha jiri ajụjụ ederede nke isi ya bụ mmetuta asụsụ Bekee na-emetuta nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Sịnịọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo Etiti nke Steeti Enugwu wee mee nchọcha a. E jiri usoro nsere họpụta ụlọ akwụkwọ iri n'etiti ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị dị iri asatọ na ise e nwere n'okpuru ọchịchị Igbo Etiti. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ụmụ akwụkwọ ọnụọgụ ha dị narị abụọ ndị nọchitere anya ụmụ akwụkwọ ọnụọgụ ha dị otu puku na narị iteghete. Ndị nchọcha haziri ihe ha chọpụtatra site n'usoro miini. Ihe a chọpụtara gosiri na asụsụ Bekee na -emetuta nka ụmụ akwụkwọ gbasara ịsụ na ide asụsụ Igbo. Ọ na-emetuta akparamagwa ndị nne na nna ụfọdụ gbasara mmụta ụmụaka n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị. Ọ na-emetụtakwa izuoke ngwa nkuzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Ndị nchọcha tunyere aro ndị a: gọọmenti ga-ewebata ezigbo akwụkwọ ọgụgụ ndị e jiri Igbo izugbe depụta. Ndị nkuzi na ndị isi ụlọ akwụkwọ ga na-agba ụmụ akwụkwọ mere nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo ume dị ka inye ha ohere agụmakwụkwọ n'efụ. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ndị nne na nna ga na-eji asụsụ Igbo azụlite ụmụaka ha. Tinyere nke a, ndị gọọmenti ga na-achịkọba ọgbakọ ọzụzụ dị iche iche iji nye ndị nkuzi ọzụzụ pụrụ iche n'asụsụ Igbo. Na nchịkọta, ndị gọọmenti kwesiri ime ka ọ bụrụ iwu na tupu e were nwaafọ Igbo ọbụla n'ọrụ na ọ ga-abụ onye maara asụ ma na-edekwa asụsụ Igbo nke ọma.

## Ndubanye

Asụsụ bụ ihe dị mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Asụsụ bụ ụzọụwa niile si akọwa obi ha; ọ bụ mgba ama obi. Asụsụ bụ ihe dị ọkpụtọrọkpụ. Nke a putara na ọ bụ ihe bidoro na mbido ụwa ma bụrụ ihe a na-ahụta site n'agbụrụ ruo n'agbụrụ. Ya mere Agbedo (2003) jiri kwuo na asụsụ bụ otu n'ime ihe agbụrụ ji akọwapụtara agbụrụ maka odịnaala na omenaala, nkwenye ha, okpukpere Chi ha na kwa nhụrụ ụwa ha. Ọ gakwara n'ihu kwuo na e wepu asụsụ na mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya agaghị adị mfe. Agbedo (2000) kwukwara na asụsụ bụ okwu si mmadụ n'ọnụ pụta iji weta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Mbah (2002) n'akụkụ nke ya kọwara asụsụ dị ka iji akara ụda ma ọ bụ akara edemede na-ezipụta mbunuche mmadụ ma ọ bụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Otu e siri nwee ọtụtụ agbụrụ n'ụwa, ka e siri nwee ọtụtụ asụsụ. Ndịiche n'asụsụ so n'ihe na-eweta ndịiche n'otu agbụrụ na agbụrụọzọ. Mana n'agbanyeghị na e nwere ọtụtụ asụsụ n'uwa, asụsụ niile ha nhatanha. O nweghị asụsụ ka ibe ya mma. Uru asụsụ Igbo na-abara ndị Igbo nwe ya bụkwa uru asụsụ Awụsa na ndị ọzọ dị iche iche na-abara ndị nwe ha. Ya bụ, mmadụ niile nọ n'ụwa nwere otu asụsụ ma ọ bụ karia ha na-asụ. Nke a

nwere ike bụrụ asụsụ ha mụtara amụta oge ha na-etolite. Asụsụ Bekee bụ asụsụ mba ụwa dị ka Ngugu (1998) siri kọwa ya. Ọ bụ asụsụ ndị ọcha webatara ha jiri chịa ala Naịjịrịa ma kuzikwaara ha agụmakwụkwọ na ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị iche iche webatara mmepe obodo. Ọ bụ asụsụ onye ọ bụla n'ala Naịjịrịa na-achọsị ike, ọbụladị ndị Igbo n'onwe ha. Ọ bụ asụsụ njikọ, asụsụ ọchịchị, asụsụ azụmahịa na asụsụ nke ihe niile tinyere nke mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ asụsụ a na-asụ n'akụkụ niile n'ala Naijiria. Akwụkwọ usoro ọchịchị Naijiria nke afọ 1999 nyere asụsụ Bekee ọkwa dị elu n'ala Naịjịrịa. Robert (2011) kwuru na kaala Naịjịrịa nwechara onwe ya n'ọchịchị ndị ọcha, asụsụ Bekee gara n'ihu nọgide n'iwere ọnọdụ ukwu na Naịjịrịa ọ kachasị n'ụlọ akwụkwọ ndị gọọmenti, ọnọdụ azụmahia na ndị ọzọ. Ọ bụ asụsụ a jikọtara Naịjịrịa ọnụ n'etiti ọtụtụ asụsụ niile dị n'ala Naịjịrịa. E ji ya akuzị ihe niile a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ ma bụrụkwa ihe ọmụmụ n'onwe ya. Taa, asụsụ Bekee bụ asụsụ ndịNaịjịrịa nabatara dị ka asụsụ ha ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha.

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naịjịrịa ndị gọọmenti nabatara ka a na -akụzi n'ụlọ akwụkwọ.Mgbe ọ bụla a kpọrọ Igbo, o nwere ihe atọna-agbata mmadụ n'obi ya. Ha bụ: ndị Igbo, ala Igbo na asụsụ Igbo. Ọ bụ ya bụ asụsụ ndị Igbo ji akparịta ụka ma na-emekọrịta n'ụzọ dị iche iche dị ka n'ibi obi ezinaụlọ, azụmahia, isọrịta mpi, ime omenaala, ikuzi, ịzịkọrịta ozi, ime nchọpụta na ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

N'ịgbado ukwu n'ihe niile a kọwara tupu ugbu a gbasara asụsụ Bekee na asụsụ Igbo, o kwere nghọta na asụsụ abụọ ndị a nọ dị ka asụsụ ndị mmadụ ji ebi obi n'ala Naịjịrịa, ma bụrụkwa asụsụ a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ. Ka ọ dị ugbu a, nhazi ihe niile gbasara agụmakwụkwọ bụ nke a hazịrị dị ka ụkpụrụ na omenaala ndị ahụ siri dị. Ọ bụkwa asụsụ Bekee ka e ji depụta ihe niile gbasara ya. Ndị a mere asụsụ Bekee ka ọ bụrụ iwu na onye na-agafeghi na ya agaghị agafe klasị nke o kwesiri igafe. Ọ bụkwa ya ka e ji eme nnwale n'ụlọ ọrụ dị iche iche maka ịchọta ọrụ na mbuli n'ọkwa. Nwata akwụkwọ sụọ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ, a taa ya ahụhụ mana onye sụọ Bekee a kụọrọ ya aka.

N'ihi ihe ndị a na kwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ kpatara mmadụ niile n'ala Naịjịrịa na-achọsi ike ịmụta asụsụ Bekee karịa asụsụ ọzọ. Ọtụtụ ezinaụlọ na-akụziri ụmụ ha asụsụ Bekee malite mgbe ha na-aṅụ ara. Ọ dịkwa otu a n'ụlọ akwụkwọ ndị ọta akara, ọ bụ asụsụ Bekee ka e ji agwa ha okwu, nke na-eme na ọ bụ ya bụ asụsụ mbu ha na-amụta. Mgbe ha na-aba praimarị, ha na-amụzi asụsụ Igbo Izugbe dị ka asụsụ nke abụọ. Oge a na-abụ asụsụ Bekee ka e ji akụzịrị ha asụsụ Igbo. E ji asụsụ Bekee akọwara ha asụsụ Igbo ha aghọtaghị iji mee ka ha ghọta ya nke ọma.

O kwere nghọta na mgbe ọbụla asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa bịakọtara ọnụ, a ga-enweriri mbufe asụsụ. Mbufe asụsụ nwere ike bụrụ n'ụzọ dị mma ma ọ bụ n'ụzọ adịghị mma. Dị ka o siri gbasa asụsụ Bekee na asụsụ Igbo n'ala Naijiria, e nwere mbufe asụsụ nke adịghị mma. Site n'ihe ndị a kọwara, asụsụ Bekee na-akpagbu asụsụ Igbo n'ebe ọ dị ukwu n'ihi ọnọdụ e nyere ya. O nweghi onye ọ bụla bụ nwa amala Igbo ma ndị gụrụ akwụkwọ ma ndị agụghị pụrụ ịsụ asụsụ Igbo ruo n'isi ghara itinye ya asụsụ Bekee (Engligbo). Ọnọdụ a metụtara ma akwụkwọ ọgụgụ Igbo. E ji asụsụ Bekee akọwa ihe ụfọdụ n'ime ya. Ọtụtụ mkpụrụ okwu Igbo dịgasị n'ime akwụkwọ ndị a bụ mkpụrụ okwu Bekee a sụpere n'asụsụ Igbo. Nke a bụ nnukwu nsogbu maka na ọ bụrụ na asụsụ Igbo ji ugwu ya dị ka o kwesiri, e kwesighi iji asụsụ Bekee na-akọwa ya ma ọ bụ na-ede ihe gbasara ya n'ihi na asụsụ bụ asụsụ.

**Asụsụ Igbo na Ọnọdụ Ya N'ụlọ Akwụkwọ Sịnịọ Sekọndịrị**

Asụsụ Igbo dị ka Anozie (2003) siri kọwapụta bụ otu n'ime ọtụtụ asụsụ sitere n'okpuru asụsụ a na-akpọ "kwa" dị n'okpuru ezinaụlọ asụsụ a na-akpọ "Naija Kongo". Naija Kongo bụ ezinaụlọ asụsụ dị n'okpuru nnukwu asụsụ bụ "Congo Cord Fonio". Ọ gakwara n'ihu kwuo na asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ala Naịjirịa. Ebe ọmụmụ asụsụ Igbo pụtakarịsịrị ihe n'ala Igbo bụ na Steeti Enugwu, Anambara, Imo, Abịa na Ebonyi.

Dị ka o siri gbasa ọnọdụ asụsụ Igbo dị ka otu ihe ọmụmụ a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, asụsụ Igbo etoghị eto dị ka ihe ọmụmụ ndị ọzọ a na-emegasị n'ụlọ akwụwọ. Anozie (2003) gosipụtara na ihe a na-edekasị n'ahụ aja n'ụlọ akwụkwọ niile nke praịmarị na sekọndịrị, bụ na ha anabataghị ịsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ha. Onye sụọ Igbo, ọ kwụọ nha. Ọnọdụ dị otu a na-ebutu ugwu asụsụ Igbo nwere. E si ụzọ dị otu a, akụzịrị ụmụaka na ọmụmụ asụsụ Igbo abaghị uru ma ọ bụ na ọ dịghị mkpa ka asụsụ Bekee. Site n'ụzọ dị otu a, asụsụ Igbo ejiri nwayọọ na-anwụ. N'ịkwado okwu a, Nwadike (2009) sịrị na ihe na-arụtu aka ngwa ngwa n'ọnwụ asụsụ bụ mgbe ụmụaka anakwaghị asụ ya. Ọ dị otu a, ọ na-egbubi ụdọ mmekọrịta dị n'etiti otu ọgbọ na ibe ya. Nke a na-eme na mgbe ndị okenye nwụchara, asụsụ ha esoro ha nwụọ.

Nke ọzọ yiri ibe ya gbasara ọnọdụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ bụ ọzụzụ a na-enye ndị nkuzi asụsụ Igbo tinyere akparamagwa ndị nkuzi nye asụsụ Igbo. Ukeje (1976) kọwara na onye nkuzi bụ ume ahụ nke ihe ọmụmụ niile na-ekuru, ma bụrụkwa nkume (okwute) ji ụlọ bụ ihe ọmụmụ.

Ọ kọwakwara na ezigbo mmụta na-apụta ihe bụ maka etu onye nkuzị ọ bụla si kwụrụ chịm n'ihe ọ na-akuzi. Onye nkuzi abụghị naanị kuzịere ụmụ akwụkwọ ihe ka ọ nọ ọrụ ya, kama na ọ bụkwa onye ndu, onye mgbazịrị na kwa onye agbamume nyere ụmụ akwụkwọ ya ka mmụta gaa nke ọma. Tupu nke a abịa na mmezu, onye nkuzi asụsụ Igbo ga-agabiga ezigbo ọzụzụ pụrụ iche iji bọnye onwe ya aja n'ukwu.

Nke a mere Okpala (1990) jiri tinye ọnụ wee si na ọ bụ enweghị ezigbo ọzụzụ ndị nkuzi na-ebute nkuzi adịgboroja ma ọ bụ nra ahụ dị na nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo a na-ahụ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị.

**Asụsụ Bekee na ọnọdụya dịka ihe ọmụmụ a na-amụn'ụlọakwụkwọsiniọsekọndịrị**

Asụsụ Bekee bụ asụsụ ndị ọcha jiri chịa ala Naịjirịa n'oge gboo. Malite n'oge ahụ ka o jiri were ọnọdụ ma gbanye mgbọrọgwụ n'ala Naịjirịa. Ndị Naịjirịa nabatara ya dị ka asụsụ njikọ ebe ha hụtara na ọ hịara ahụ Naịjirịa inwe otu asụsụ site n'asụsụ niile ha nwere. Robert (2001) kwuru na ka obodo Naịjirịa nwechara onwe ha n'ọchịchị ndị ọcha, asụsụ Bekee gara n'ihụ nọgide n'iwere ọnọdụ na ugwu karịchaa na gọọmenti, azụmahịa, agụmakwụkwọ na kwa n'ebe ndị ọzọ dị iche iche. N'ihi ya, onye ọ bụla na-ahụtazị asụsụ Bekee dị ka ihe a na-achosi ike.

Dị ka o siri gbasaọnọdụ asụsụ Bekee n'ụlọ akwụkwọ, Nwachukwu (2012) kwuru na e mere asụsụ Bekee ka ọ bụrụ naani asụsụ a nabatara maka inye mmadụ ọzụzụ, maka ịrụ ọrụ ma ọ bụ ije ozi na gọọmenti. Ọ gara n'ihu kwuo na e mekwara ya ka ọ bụrụ asụsụ ọchịchị. Dị ka n'ụlọ akwụkwọ, e mere ya ka ọ bụrụ iwu na nwata akwụkwọ ọ bụla ga-enwetarịrị ya tupu o si n'ogo sekọndịrị nke nta banye na sịnịọ sekọndịrị. N'otu aka ahụ, nwata akwụkwọ ọ bụla ga-enwetarịrị ya tupu o nwee ike ịbanye mahadum. Nke a mere ka asụsụ Bekee ghọrọ asụsụ nkuzi na ọmụmụ n'ụdị na ihe niile a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ bụ asụsụ Bekee ka e ji akuzi ha.

**Etu asụsụ Bekee si emetụta asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọsekọndịrị**

Dị ka Igboanusi (2002) siri kwu na ebe ọ bụrịị eziokwu na ebe e nwere asụmasụ abụọ, na asụsụ abụọ a na-emetuta onwe ha. Ha abụọ ga na-akwalite onwe ha n'ụdị ịgwakọrịta asụsụ abụọ ndị a iji mee ka izikọrịta ozi na-aga were were n'akụkụ asụsụ nke ọ bụla n'etiti ha abụọ.

N'itinye ọnụ n'ọnọdụ a, Ene (1999) kwụrụ na ngwakọrịta asụsụ na-emetụtakari otu akụkụ n'ụdị na ọ na-abụkarị asụsụ Bekee na-emetuta asụsụ epum. N'ihi ọnọdụ ugwu e bunyere asụsụ Bekee n'ebe agụmakwụkwọ dị, asụsụ Bekee kpachapụrụ asụsụ Igbo n'akụkụ.

N'igbado ụkwụ na mbuli e buliri asụsụ Bekee n'ọnọdụ dị iche iche gbasara agụmakwụkwọ, ọtụtụ mmadụ karịchaa ụmụ amaala Igbo gụtara akwụkwọ weere asụsụ Bekee dị ka asụsụ mbụ ha. Ọ bụrịị eziokwu na ha na-asụbu Igbo mana Igbo nke ha na-asụ bụ olundi nke mpaghara obodo ha.
Ọ bụ asụsụ Igbo Izugbe ka a na-amụ ma jirikwa na-akuzi ihe n'ụlọ akwụkwọ. Lado (2008) kwuru na site n'ikwu na mgbochi ọmụmụ asụsụ a na-enwe n'etiti ndị na-amụ ma ọ bụ asụ asụsụ abụọ bụ ịchọpụta ndịiche n'asụsụ abụọ ndị o metutara. Ọ na-adị otu a n'ihi na nwata akwụkwọ na-ebufe ụdịdị na mpụtara asụsụ mbụ n'ebe asụsụ nke abụọ nọ ebe ọ na-achọ ịghọta na isụ asụsụ nke abụọ.

Ebe agụmakwụkwọ hiwere isi n'asụsụ Bekee, ihe ọ pụtara bụ na asụsụ ndị ọzọ niile nke asụsụ Igbo bụ otu n'ime ha enweghị uru ha bara. Uzoezie (2001) kwuru na nnọdebe asụsụ Bekee na asụsụ Igbo nọdobere onwe ha mịpụtara mkpụrụ ọjọọ ndị a n'ebe asụsụ Igbo dị:

- Ntụgbara ndị Igbo site n'ime otu asụsụ ka ha bụrụzia obodo nwere ọtụtụ asụsụ.
- Mkpụrụ okwu asụsụ Bekee ijiri ike na-ekwobanye n'ọba okwu asụsụ Igbo.
- Ijiri ọtụtụ mkpụrụ okwu asụsụ Bekee na-anọchite anya ọtụtụ mkpụrụ okwu asụsụ Igbo. Ihe niile ndị a na ndị ọzọ bụ ọnọdụ asụsụ Igbo hụtara onwe ya n'ihi asụsụ Bekee ya na ya nodebere.

N'iga n'ihu ịkwụpụta mmetụta asụsụ Bekee metutara asụsụ Igbo, Uzoezie (2001) kọwakwara na mkpụrụ kacha pụta ihe bụ mpụta "Engligbo". Nke a ka ọ gara n'ihụ kwuo na o nwere ike ịbụ asụsụ ọzọ a tụkwasịrị ndị Igbo. Engligbo pụtara ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ Igbo n'ikwu okwu. O kwukwara na mpụta Engligbo bụ otu njirimara nke ihe Hassanpour (2001) kpọrọ "Linguicide" ya bụ ịkpacha anya gbuo asụsụ.Nke a na-akọwa na Engligbo nwere ike ịnọchịte anya asụsụ Igbo n'ọdịniihu. Ọ bụladị ruo ugbua, o siri ike ịhụ onye ọ bụla na-asụ Igbo ma ndị nkuzi, ụmụ akwụkwọ, ndị gụrụ akwụkwọ ma ndị agụghị akwụkwọ na-adighi agwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ Igbo.N'akụkụ nke ọzọ, Okorji (1998) na nkwenye ya sịrị na mpako so etinye aka n'ime na ụmụ akwụkwọ na-agwakọrịta asụsụ Bekee na Igbo. Dị ka Okeke (2009:5) siri kwu n'aka nke ya, "na o nwere ike ịbụ iji kpuchite nzuzu onye na -ekwu okwu, ọ kachasị onye amaghị akwụkwọ iji gosi na ya ma ebe a nọ". Ugwu (2013) na nkwenye ya gosiri ọnọdụ ole na ole so akwalite ngwakọrịta a. E nwere ike ịkpọ ihe ndị a nsogbu ndị nọ n'ime asụsụ Igbo. Hagunyere:

a) Mgbe ọtụtụ mkpụrụ okwu asụsụ Igbo na-abụghị ihe ndị Igbo niile na-aghọta. Ụfọdụ ha gunyere:

i) Onyonyo –Picture
ii) Okooko – Flower
iii) Igbe - box
iv) Elekere - Hour dg

b) Mgbe ọtụtụ mkpụrụ okwu asụsụ Bekee gbagoro nnukwu mgbọrọgwụ n'ịsụ ya n'etiti ndị na-asụ Igbo, nke na ha ekpuchigo mpụtara ha n'asụsụ Igbo.
Ịmaatụ - Hand bag, tyre, handkerchief, belt, dg.

ch) Mgbe mkpụrụ okwu Igbo na-anọchite anya ọtụtụ ihe, ma onye na-asụ asụsụ chọrọ ịrụtụ otu ihe aka.
Ịmaatụ -
Ụgbọ mmiri - canoe, boat, ship dg
Achịcha - cake, biscuit dg
Otu - cult, association, club dg.
Etu ọ dị mgbe onye Igbo sịrị "ụgbọ mmiri", onye nnyocha na-adabere n'akọnuche ya ka o wee mara ụdịdị "ụgbọ mmiri" nke a na-ekwu maka ya.

d) Mgbe ndị Igbo nabatara mkpụrụ okwu asụsụ Bekee na mkpọpụta na kwa mpụtara ha n'asụsụ Igbo.
Ịmaatụ -
Table - Tebulu
Trouser - Traụza
Cashew - Kashịu
Candle - Kandụlụ
Stove - Stovu dg.

Ọ bụ ọnọdụ ndị a dị ka Ugwu (2003) chọpụtara so ebute ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ Igbo.

**Agwa ndịnne na nna**

Ọtụtụ ndị nchọcha emeela nchọcha dị iche iche dị ka o siri gbasa nkwado, mmasi na enyemaaka ndị nne na nna n'ebe agụmakwụkwọ ụmụaka ha dị. Onyegbu (1999) depụtara na ụmụ akwụkwọ ndị nne na nna ha nwere ezi echiche ebe ịsụ asụsụ Igbo n'ezinaụlọ ha nwere nnukwu uru na-eso ya. Ya bụ ezigbo agbamume ndị nne na nna na-eme ka ha tinye ụmụ ha n'ezigbo ụlọ akwụkwọ dị iche iche. Ha na-eme nke a site n'ịchọta ndị na-abịa n'ụlọ ha na-akụziri ụmụ ha ma ọ bụ ikuziri ụmụ ha n'onwe ha. Okeke (1985) gosipụtara uche ya dị ka o siri gbasa ndị nne na nna site n'ikwu na ha so agba ndị nkuzi ume ka ha were asụsụ Bekee kuziwere ụmụ akwụkwọ ihe n'ụlọ akwụkwọ. Site n'ụzọ dị otu a, asụsụ Igbo abụrụzie ihe e
ledara anya nke ukwu. N'ịga n'ihu dị ka o siri gbasa mmụta ma ọ bụ mgbanwe asụsụ nke ụmụaka, Okonkwo (1998) kwuru na ndị nne na nna nwere ike ịdị na-akpọga ụmụ ebe a na-eme ihe onyonyo gbasara asụsụ Igbo, ebe e kposara ihe ochie metụtara ọmụmụ

asụsụ Igbo, ọba akwụkwọ, na kwa ebe e nwere egwuregwu na-akwali mmasị ụmụaka gbasara agụmakwụkwọ.

**Enweghịezigbo ngwa nkuzi zuru oke**

Ngwa nkuzi bụ enyemaka ihe ọmụmụ na-eme ka nkuzi na ọmụmụ na-aga n'ihụ. Ngwa nkuzi na -enyere ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ aka ịghọta ihe ọmụmụ, ụdịdị enyemaka n'ebe asụsụ Igbo nọ na-akọ nnukwu ụkọ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị dịgasị n'ala Naịjirịa. Ugwu (2001) kwụpụtara na ọtụtụ ụlọ akwụkwọ ndị ime obodo dị iche iche na ndị nkuzi anaghị eji ngwa nkuzi akụzi ihe. Ndị gọọmenti anaghị etinyekwa uche n'ihe gbasara ngwa nkuzi Igbo. Ha na-aka enwe mmasi n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ dị ka asụsụ Bekee, sayensi, mgbakọ na mwepu dg. Ọ bụ ndị a ka ha na-aka etinye ego zupụta ngwa nkuzị ma kesaa ha n'ụlọ akwụkwọ. Njoku (2003) chọpụtara na ọtụtụ ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị enweghị Laabụ, wọkshọp na ngwa nkuzi dị iche iche na-enye aka na nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ gara n'ihụ kwuo na ụkọ ihe ndị a na-ebute na ụmụ akwụkwọ na-enwe nlaghachi azụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Iji ngwa nkuzi kuziere ụmụ akwụkwọ ihe ka eji akpọghachite mmụọ ụmụaka ka ha ghọta isiokwu ahụ nke ọma.

**Usoro nhazịihe achọpụtara**

N'ebe a, ndị nchọcha jiri usoro miini were hazie ihe a chọpụtara na nchọcha a. Ọsịsa ajụjụ ọ bụla nwere miini gafere 2.5 bụ nke a nabatara, ma bụrụ ndị a ga-eji rụọ ọrụ ọsịsa ajụjụ. Nchọcha ọ bụla erughi 2.5 bụ nke a nabataghi.

**Nchọpụtaga**

N'ebe a, a hazịrị ihe a chọpụtara maka nchọcha a. E gosiri nke a na tebulu na tebulu site n'ịgbado ụkwụ n'ajụjụ nchọcha e wepụtara maka nchọcha a.

**Ajụjụnchọcha nke mbụ**

Kedu etu asụsụ Bekee siri nwee mmetụta na nka ụmụ akwụkwọ gbasara ide na ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị?

**Ntụzi aka:**

'EI' pụtara Ekwesiri m ike
'E' pụtara Ekwere m
'AI' pụtara Ajụsiri m ike
'A' pụtara Ajụrụ m

| ọnụọgụgụ | Ndịna | EI | E | AI | A | Miini | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 1 | Mgbe m chọrọ ịsụ asụsụ Igbo, a na m ewebatakarị asụsụ Bekee | 129 | 42 | 12 | 17 | 3.4 | Nnabata |

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | iji kọwa onwe m nke ọma. | | | | | | |
| 2 | Ịha nha ma a sụọ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ m na-egbochi m ịsụ na ide asụsụ Igbo. | 108 | 53 | 29 | 10 | 3.3 | Nnabata |
| 3 | Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ anaghị aghọtacha ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọma ma ọ bụrụ na agwakọtaghi ya na asụsụ Bekee. | 88 | 68 | 35 | 9 | 3.1 | Nnabata |
| 4 | N'ihi mmasị m nwere n'asụsụ Bekee, ọ na-eme ka m nwee nsogbu n'ịsụ na ide asụsụ Igbo nke ọma. | 79 | 55 | 38 | 28 | 2.9 | Nnabata |

Tebulu 1

Tebulu nke mbụ a gosiri ọsịsa miini na etu asụsụ Bekee siri nwee mmetụta na nka ụmụ akwụkwọ gbasara ide na ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'Igbo Etiti. Site na mkpebi ihe a chọpụtara, o gosiri na ọgụ nke mbụ, abụọ, atọ na anọ ndị akara miini ha bụ 3.4, 3.3, 3.1 na 2.9 dabara adaba na nchọcha a n'ihi na ha ruru ma karia 2.5 bụ ọnọdụ mkpebi miini a nabatara. Ndị nchọcha wee kpebie na ndịna nke mbụ, abụọ, atọ na anọ na tebulu nke mbụ a bụ ihe ndị so eme na asụsụ Bekee na-enwe mmetụta na nka ụmụ akwụkwọ gbasara ide na ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'Igbo Etiti.

**Ajụjụnchọcha nke abụọ**

Olee etu asụsụ Bekee sị emetụta mmasị ndị nkuzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị?

| ọnụọgụgụ | Ndịna | EI | E | AI | A | Miini | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 5 | Ndị nkuzi Igbo ụfọdụ anaghi enwe afọ ojuju n'isụ naani asụsụ Igbo n'ihu ụmụ akwụkwọ. | 85 | 68 | 32 | 10 | 3.1 | Nnabata |
| 6 | Ndị nkuzi ụfọdụ na-enwekari obi iju oyi ikuziri ụmụ akwụkwọ asụsụ Igbo n'ihi ajọ akparamagwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ihe ọmụmụ a dị. | 90 | 71 | 29 | 10 | 3.2 | Nnabata |
| 7 | Ndị na-akuzi Igbo n'ụlọ akwụkwọ na-eme ihere ịkọwapụta onwe | 79 | 67 | 50 | 4 | 3.1 | Nnabata |

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | ha dị ka ndị nkuzị Igbo n'etiti ndị nkuzị asụsụ Bekee, Sayensi na ndị ọzọ | | | | | | |
| 8 | Obi iju oyi ndị nkuzị na-emetụta obi anụmọkụ ụmụ akwụkwọ n'ebe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. | 68 | 72 | 43 | 173 | 2.9 | Nnabata |

Tebulu 2

Tebulu nke abụọ gosiri ọsịsa miini gbasara etu asụsụ Bekee si emetụta mmasi ndị nkuzị Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'Igbo Etiti. Site na nchọcha mkpebi ndị nchọcha, o gosiri na site n'ọgụ nke ise, isii, asaa na asatọ dabara n'ihi na ha ruru 2.5 bụ nke a nabatara. Ya mere ndị nchọcha jiri kpebie na ọgụ ise,isii,asaa na asatọ na-eme na asụsụ Bekee na emetụta mmasi ndị nkuzị Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'Igbo Etiti nke Steeti Enugwu.

**Ajụjụnchọcha nke atọ**

Kedu ka asụsụ Bekee si emetụta akparamagwa ndị nne na nna ụfọdụ dị ka o siri gbasa mmụta ụmụaka nye ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ?

| ọnụọgụgụ | Ndịna | El | E | Al | A | Miini | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 9 | Ndị nne na nna ụfọdụ na-achọ ka ụmụ ha na-asụkarị asụsụ Bekee iji gosi na ha gụrụ akwụkwọ. | 111 | 66 | 10 | 13 | 3.4 | Nnabata |
| 10 | Ndị nne na nna ụfọdụ na-eji asụsụ Bekee agwa ụmụ ha okwu na kwa akuzịrị ha ihe n'ụlọ. | 98 | 82 | 7 | 13 | 3.1 | Nnabata |
| 11 | Ndị nne na nna ụfọdụ na-egbochi ụmụ ha itinye uche n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha kwere na o nweghi ebe ọ na-eduga ha. | 92 | 69 | 34 | 5 | 3.2 | Nnabata |
| 12 | Ndị nne na nna ụfọdụ na-enye ụmụ ha ihe agbamume ma ha mee nke ọma n'asụsụ Bekee na Sayensi. Mana ha anaghi eme ihe di otu a n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. | 105 | 61 | 17 | 17 | 3.3 | Nnabata |

Tebulu 3

Tebulu nke atọ a gosiri ọsịsa miini gbasara etu asụsụ Bekee si emetụta akparamagwa ndị nne na nna ụfọdụ dị ka o siri gbasa mmụta ụmụaka nye ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'Igbo Etiti. N'ebe a, ha chọpụtara na site n'ọgụ nke iteghete, iri, iri na otu na iri na abụọ dabachara n'ihi na miini nke ọ bụla ruru 2.5. N'ihi ya, ha wee kpebie na mmalite na ndịna ọgụ nke iteghete ruo na nke iri na abụọ na-ebute na asụsụ Bekee na-emetụta akparamagwa ndị nne na nna ụfọdụ dị ka o siri gbasa mmụta ụmụaka nye ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ.

**Ajụjụnchọcha nke anọ**

Olee etu asụsụ Bekee si emetụta izu oke ngwa nkuzi dị ka o si gbasa nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'Igbo Etiti?

| ọnụọgụgụ | Ndịna | EI | E | AI | A | Miini | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 13 | E nwere ọtụtụ ngwa nkuzi maka nkuzi asụsụ Bekee karịa n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. | 112 | 50 | 21 | 17 | 3.4 | Nnabata |
| 14 | Ndị nhazị agụmakwụkwọ ka nwee mmasị n'iwebata ngwa nkuzi maka ọmụmụ asụsụ Bekee na Sayensi karịa ihe ọmụmụ Igbo. | 93 | 73 | 23 | 11 | 3.2 | Nnabata |
| 15 | Ụfọdụ akwụkwọ ọgụgụ Igbo bụ nke e jiri asụsụ Bekee kọwapụta ọtụtụ ihe na-egbochi ịmụta asụsụ Igbo nke ọma. | 77 | 64 | 38 | 21 | 2.9 | Nnabata |
| 16 | Iji ngwa nkuzị akuzị asụsụ Igbo na-eme ka m ghọta ihe a na-akuzị nke ọma. | 67 | 84 | 34 | 15 | 3.0 | Nnabata |

Tebulu 4

Tebulu nke anọ, ndị nchọcha chọpụtara na site n'ọgụ nke iri na atọ, ruo n'ọgụ nke iri na isii dabara adaba, n'ihi na miini nke ọ bụla ruru 2.5. Ya mere ha jiri kpebie na ndịna ọgụ nke iri na atọ ruo na iri na isii na-egosi na asụsụ Bekee na-emetụta izu oke ngwa nkuzi dị ka o siri gbasa nkuzị na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'Igbo Etiti.

**Mkparịta ụkan’ihe a chọpụtara**

Mkparịta ụka a gbadoro ụkwụ n’ajụjụ nchọcha ihe ọmụmụ a bụ nke a kọwara n’isiokwu.N’etu asụsụ Bekee siri nwee mmetụta na nka ụmụ akwụkwọ gbasara ịsụ na ide asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị, nchọpụta ihe nchọcha gosiri na ịha nha ma asụọ asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ na-egbochi ụmụ akwụkwọ ịsụ na ide asụsụ Igbo. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ anaghị aghọta asụsụ Igbo nke ọma ma ọ bụrụ na a gwakọrịtaghị ya asụsụ Bekee. N’ihi ihunanya ụmụaka nwere n’ebe asụsụ Bekee nọ, na-eme ka ha nwee nsogbu n’ịsụ na ide asụsụ Igbo nke ọma. Nke a pụtara ihe na miini ụsa ajụjụdị na tebulu ajụjụ nchọcha. Ya mere ka a aghọta n’ezie na asụsụ Bekee na-enwe mmetụta na nka ụmụ akwụkwọ gbasara ịsụ na ide asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị.

Nchọpụta nchọcha a kwadoro Nwadike (1981) onye kwuru na ọ bụ nnarapụ ahụ a narapụrụ asụsụ Igbo ikike iji ya na -akuzịri ụmụ akwụkwọ ihe, na-ebute ịgwakọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee tụmadị mgbe a na-amụ Igbo. Ọ kwadokwara Uzoezie (2001) onye kwuru na nnọdobe asụsụ Bekee nọdobere asụsụ Igbo mipụtara mkpụrụ dị iche iche nke ụfọdụ n’ime ha bụ ihe a hụgasịrị n’elu ebe a.

N’etu asụsụ Bekee si emetụta mmasi ndị nkuzị asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị, ihe a chọpụtara gosiri na ndị nkuzị Igbo ụfọdụ anaghị enwe afọ ojuju na nkwuwa okwu ịsụ asụsụ Igbo n’ihu ụmụ akwụkwọ. Ndị nkuzị ụfọdụ na-enwekarị obi iju oyi ikuzịrị ụmụ akwụkwọ asụsụ Igbo n’ihi ajọ akparamagwa ha n’ebe ihe ọmụmụ a dị. Ndị na-akuzị Igbo n’ụlọ akwụkwọ na-eme ihere ịkọwapụta onwe ha dị ka ndị nkuzị Igbo n’etiti ndị nkuzị asụsụ Bekee, Sayensi na ndị ọzọ.

Obi iju oyi ndị nkuzị na-emetụta obi anụmọkụ ụmụ akwụkwọ n’ebe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. O wee gosi n’ezie site na nchọpụta na asụsụ Bekee na-emetụta mmasị ndị nkuzị n’ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ. Hoyle (1986) kwadoro nchọpụta a site n’ikwu na onye nkuzị abụghi naanị kuziere ụmụ akwụkwọ ihe ka ọ nọ ọrụ ya, kama na ọ bụkwa onye ndu, onye mgbaziri na kwa onye agbamume nyere ụmụ akwụkwọ ya ka mmụta gaa nke ọma.

N’etu asụsụ Bekee si emetụta akparamagwa ndị nne na nna ụfọdụ dị ka o siri gbasa mmụta ụmụ akwụkwọ nye nkuzị na ọmụmụ asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ,nchọcha a chọpụtara site na miini ụsa ajụjụ na ndị e jiri mee nchọcha kwenyere na ndị a nọgasi na tebulu a bụ ụzọ asụsụ Bekee siri emetụta akparamagwa ndị nne na nna dị ka o siri gbasa mmụta nye ọmụmụ asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ. Ụzọ ndị a gunyere: ndị nne na nna ụfọdụ na-achọ ka ụmụ ha na-asụkari asụsụ Bekee iji gosi na ha gụrụ akwụkwọ, ndị nne na nna ụfọdụ na-eji asụsụ Bekee agwa ụmụ ha okwu na kwa akuzịrị ha ihe n’ụlọ. Ihe nchọpụta kwenyere na nkwụpụta na ndị nne na nna nọ

n'ọkwa dị elu na-aka egosi nkwado n'agụmakwụkwọ ụmụ ha tụmadị n'ihe ọmụmụ asụsụ Bekee, sayensi karịa n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

N'etu asụsụ Bekee si emetụta ngwa nkuzi dị ka o si gbasa nkuzị na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ, nchọpụta gosiri na ndị nchọcha kwenyere n'ụzọ dị iche iche asụsụ Bekee siri metụta ngwa nkuzị na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Ụzọ ndị a gunyere inwe ọtụtụ ngwa nkuzi maka nkuzi asụsụ Bekee karịa ihe ọmụmụ asụsụ Igbo, ndị nhazị agụmakwụkwọ ka nwee mmasị n'iwebata ngwa nkuzi maka ọmụmụ asụsụ Bekee na sayensi karịa ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụfọdụ akwụkwọ ọgụgụ Igbo ka ejiri asụsụ Bekee kọwapụta ọtụtụ ihe na-egbochi mmụta asụsụ Igbo nke ọma. Ịji ngwa nkuzi akuzi ihe ọmụmụ asụsụ Igbo na-eme ka ụmụ akwụkwọ ghọta ihe a na-akuzị nke ọma. Nke a kwadoro nkwupụta Okoye (1997) onyekwupụtara na adịghị uchu n'ikuzi asụsụ Igbo na ejighi ngwa nkuzi kwesiri ekwesi akuzi ya na-eme na ụmụakwụkwọ anaghị asụ asụsụ Igbo nke ọma wee na-agwakọrịta ya na asụsụ Bekee.

**Ntunye Arọ**

N'ịgbakwasị ụkwụ n'ihe nchọpụta ọmụmụ a, ndị nchọcha tunyere arọ ndị a: Ndị gọọmenti ga-agba mbọ hụ na e nwere ọtụtụ akwụkwọ e jiri Igbo Izugbe depụta. N'otu aka ahụ, ndị nkuzị na ndị isi ụlọ akwụkwọ ga na-agba ụmụ akwụkwọ ume nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ha ga-eme nke a site n'inye ha agụmakwụkwọ n'efu ma ọ bụ inye ha ihe agbamume ndị ọzọ. E mee ihe ndị a, ọ ga-eme ka agụụ ịmụ maka asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ gụwa ụmụ akwụkwọ.

Ọ ga-adị mma nke ukwuu ma ọ bụrụ na ndị nne na nna ejiri asụsụ Igbo zulitewe ụmụaka ha n'ezinaụlọ. Ụmụafọ Igbo kwesiri iṅomi agbụrụ ndị ọzọ e nwere n'ala Naịjirịa dị ka Awụsa na Yoruba bụ ndị ji asụsụ nke ha anya isi. Ndị gọọmenti ga na-achịkọba ọgbakọ dị iche iche maka nkuzi iji kuzịere ha ụfọdụ ihe. Ha ga-emekwa ka e nwee ngwa nkuzi zuru oke dị ka ọ dị n'asụsụ Bekee na ọmụmụ ihe ndị ọzọ. E mee otu a, ụmụ akwụkwọ ga na-enwe mmasi n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ndị nhazị agụmakwụkwọ ga-agba mbọ guzobe iwu na ntuziaka maka nkwalite ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Ha ga-enye iwu na nwata akwụkwọ ọ bụla bụ onye Igbo ga-enwetarịrị Igbo n'ule WAEC ma ọ bụ NECO tụpụ ọ banye mahadum.

Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ndị isi ụlọ akwụkwọ na ndị nkuzị ga-agba mbọ hụ na e wepuru ịda nwata sụrụ asụsụ Igbo na klaasị nha. Ọnọdụ ịda

nha a na-eme ka ụmụ akwụkwọ nwee obi ịjụ oyi gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ.

Tụkwasiri nke a, ndị gọọmenti kwesiri ime ka ọ bụrụ iwu na tụpụ e were nwaafọ Igbo ọ bụla n'ọrụ na ọ ga-abụ onye maara asụ ma makwara ka e si ede asụsụ Igbo nke ọma.

**Nchịkọta nchọcha**

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ọmụmụ na nkuzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo Etiti nke Steeti Enugwu. Ajụjụ nchọcha anọ ka e jiri mee nchọcha a. Isiokwu e lebara anya bụ ndị a: Ọnọdụ ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị, ọnọdụ asụsụ Bekee n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị, mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị, na nkwado ndị nne na nna na-enye ụmụ ha gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo na e nweghi ngwa nkuzị zuru oke.

Site n'ihe a chọpụtara, o kwere nghọta na ụmụ akwụkwọ, ndị nkuzị, ndị nne na nna, ndị nhazị agụmakwụkwọ, ndị gọọmenti na ụmụafọ Igbo niile tinyere aka na-akwatu ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. N'ilegara anya n'ihe a chọpụtara, a chịkọtara ihe nchọcha a site n'ikwu na n'ihi nnukwu mbuli e buliri asụsụ Bekee, asụsụ Igbo enweela nnukwu nsogbu. Ndị nkuzi asụsụ Igbo n'onwe ha anaghị enwe mmasị n'ikuziIgbo, n'ihi ịda nha e guzobere n'ụlọ akwụkwọmaka nwata akwụkwọ ọ bụla sụrụ Igbo ụmụaka anaghịzi enwe mmasi ịsụ asụsụ Igbo. Ụmụaka na -eji Engligbo anọchite anya asụsụ Igbo. Ihe ọnọdụ ndị a na-egosi bụ na asụsụ Bekee emenyụọla asụsụ Igbo anya n'ụlọ akwụkwọ, nke bụ na ọ bụrụ na ndị Igbo ekulighi, ọmụmụ asụsụ Igbo ga-anwụ pịịị

**Edensibịa**


Agbedo, C. U. (2000). *General Linguistics and Introductory Reader*. Nsukka: ACE Resources Consult.

Agbedo, C. U. (2003). *Language and Mind*. Nsukka: ACE Resources Consult.

Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu; Akụkọ na Omenaala ndị Igbo*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Ene, O.I. (1999). "Influence of Levels of Education on Code Mixing among Igbo-English Speakers".Nchọcha M.Ed. Ngabala Curriculum Studies and Education Technology. Mahadum Port Harcourt

Hassanpour, (2001). "The Political Linguistics and Linguicide"Na Robert Phillipson (ọhz.) *Rights to Language Equition.*

Igboanusi, H. (2002). *Igbo English in Nigeria Level*. Ibadan: Enicrownfit Publisher.

Lado, R. (2008). *Linguistics Cross Cultures Ann*. Abbor: University of Michigan Press.

Mba, E.E. (2007). *Elison in Igbo Language and Literature in a Developing Country*. Onitsha: African First Publishers

Mgbodile, T. O. (1987). *Dynamics of Reading Development in Early Childhood Education*. Meks-Uniove (Nig) Publishers.

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo Language in Education*: *A Historical Study*. Obosi: Pacific Publishers.

Okeke, B. S. (1985). *A Handbook on Education Administration*. Owerri: New African Publishers.

Okorji, B. I. (1998). *Aspect of Tonoloji in Umuchu Dialect. A Syntatic Appraisal*. Nsukka: Humanal of the humanity.

Okoye, B. (1995). "Attitude of Urban and Rural Senior Secondary School Students towards Mathematics".*Journal of Quality Education*, 1.58-62.

Okpala, C. E (1990). *Issues in Nigeria Education*. Aba: Span Publishers.

Oraka, L. N. (1983). *The Foundations of Igbo Studies*. Onitsha: University Publishers.

Orjime, D. S. (2003). "Language and the Survival of Democracy in Nigeria".*FASS Journal of Faculty of Arts Seminar Series*. Makurdi: Benue State University.

Osuala, E. C. (1992). *Introduction to Research Methodology*. Onitsha: Africana Feb. Publishers.

Ugwu, E. I. (2013). "Reciprocal Interferences in Bilingual English –Igbo Speaking Society: The Implication in Language Pedagogy". *International Journal of Social*, Management, Economics and Business Engineering.

Ugwu, T.C. (2006). "Effects of Use of Instructional Materials in the Teaching and Learning of Literature in Senior Secondary School in Igbo–Etiti Local Government Area"Nchọcha B.Ed. Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Ukeje, B.O. (1976). *Education for Social Reconstruction*. London: Macmillan Education.

Uzoezie, R.U. (2001). *The Future Status of the Igbo Language in the Emerging Polyglossic Speech Community, a Speculation*. Akwụkwọ Ngụpụta na 10th Annual Conference and general meeting of the Modern Language Association of Nigeria at the Nigeria French Language village, Badagri, Lagos ihu 7

# MBỤRỤ: NTỌALA ASỤSỤ N'AMỤMAMỤ ASỤSỤ NCHEKE

**Onyinye ConstanceAmamgbo**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia**
**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka**
**08033086688**
**E-mail: amamgboonyinye@gmail.com**

**Ụmịedemede**

Nchọcha a lebara anya na mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke.Ihe kpalitere nchọcha a bụ ịnụ ọkụ n'obi ọ na-anụ nwanchọcha ime ka ndịmmadụ mata na ọ bụ etu ngwaa siri baa uru n'ọmụmụ asụsụ Igbo ka mbụrụ siri baa uru n'amụmamụ asụsụ ncheke. Ihe nwa nchọcha bu n'obi bụịchọpụta mbụrụ etu o si metụta ntọala asụsụ n'ebe amụmamụ asụsụ ncheke dị. A gbasoro atụtụ njireme na atụtụ ncheke wee mee nchọcha a. Nka nwanchọcha jiri mee nchọcha a bụ nchọcha e dere ede dịgasị n'akwụkwọ ndị ahaziri maka amụmamụ asụsụ nakwa akwụkwọ dị n'ọba akwụkwọ dịgasị n'ụlọ akwụkwọ dị elu. Ka e mechara nchọcha a, a chọpụtara na mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke bụ ihe oke ọnụ ahịa n'ebe amụmamụ asụsụ dị. Okwu mbụrụụfọdụ na-enwe echiche miri emi n'ihi na haanaghị egosicha echiche n'ụzọ kwụọtọ. A na-ejikarị ihe nhụrụnuche were atụnyere ihe nhụrụnanya. A chọpụtara na mbụrụ bụ otu n'ime ihe ọmụmụ n'amụmamụ asụsụ ncheke nke na-esikarị ike na nghọta mana site n'ihe mmadụ mabu, nwaafọ asụsụọbụla na-aghọta ya n'egbughị oge.Nwanchọcha chọpụtakwara na mbụrụ na-egosi okwu ekereuche na-enye okwu nghọta pụrụ iche n'amụmamụ asụsụ ncheke. Nke a gosiri na mbụrụọbụla na-emetụta ekereke echiche nke na-adabado na nhụrụnanya nye nhụrụnuche.Na mmechi, aro nwanchọcha na-atụpụta bụ; ka enye ụmụafọ Igbo ndị nwere mmasị n'amụmamụ a agụmakwụkwọ n'efu.

Ọzọkwa, ide ọtụtụ akwụkwọọgụgụ maka atụtụ amụmamụ asụsụ ncheke n'asụsụ Igbo dị oke mkpa.

**Mkpọlite**

A bịa n'amụmamụ asụsụ ncheke, mbụrụ bụ isi sekpụ ntị etu ngwaa siri buru n'isi, sekpụrụ n'aka ma kwọrọ n'azụ n'ụtọasụsụ Igbo. Mbụrụ na-akọwa nghọta asụsụ site n'ịgbado ụkwụ na nghọta asụsụ. Amụmamụ asụsụ ncheke bụ amụmamụọhụrụ n'asụsụ sayensị ncheke nke malitere mgbe e nwere ndọrọndọrọ n'etiti ndị na-arụụka gbasara etu e si amụta asụsụ. Ọ bụ Lakoff Fauconnier na ndị otu ya tụpụtara atụtụ a n'afọ 1980 mgbe ha hụrụka amụmamụ asụsụ si aga site na ndọrọndọrọ ahụ e nwere n'etiti otu abụọ ndị a: ndị otu atụtụ nsinagburugburu nke onye isi ha bụ L. Bloomfield nakwa ndị otu atụtụ nsinụbụrụ, onye isi ha bụ Zellig Harris.

Mbụrụ bụ atụmatụokwu nke e ji otu ihe amado n'ihe ọzọ enweghị agwara nke mbụ. Ọ bụ atụmatụokwu na-enye aka n'ịghọta asụsụ omimi dị iche iche. N'amụmamụ asụsụ ncheke, ọ bụ ihe a na-ahụ n'anya ka e ji akọwa ma na-aghọta ihe ndị a naghị ahụ anya. Mbụrụ dịka ntọala asụsụ bụụzọ e si egosipụta uru na ọrụ mbụrụ na-arụ n'amụmamụ asụsụ n'akụkụ dị iche icheỌ bụ ezie na ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha ma detuo ihe gbasara nsara echiche mbụrụ nye anụ nsọ n'Anambara, ụbara echiche mkpụrụ okwu nwere ngwaa, aha na nkọwa ya, mana o nwebeghị onye derela maka mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke. Iji mejupụta nchọcha a, a tụlere ọtụtụ agụmagụ na atụtụ dị iche iche maka nchọcha a.Nwanchọcha gbakwara ndị mmadụ ajụjụụfọdụ ga-enyere ya aka maka isiokwu a. A bakwara n'ọnwa ikuku ntanetị chọta ihe ndị nyeere ya aka imejupụta ebumnobi ya.

Nchọcha a ga-aba uru maka onye chọrọ ime nchọcha n'isiokwu yitere nke an'ihi na nchọcha a gara n'ihu kọwaa mbụrụ etu o kwesịrị tụmadị etu o siri metụta amụmamụ asụsụ ncheke nhụta mbụrụ na ọrụ mbụrụ na-arụ n'ụzọ dị iche iche. N'aka nke ọzọ, ọ ga-abụ ebe mgbakwasa ụkwụ maka ndị ga-eme nchọcha n'ọdịnihu n'isiokwu yitere nke a.

**Ntụlegharị agụmagụ ndị ederela n'isiokwu a**

Ntụleghari ihe ndị e derela n'isiokwu a gbadoro ụkwụ n'ihe ndị a: nkọwa mbụrụ, nnyocha atụtụ, nchọcha e merela n'isiokwu, atụtụ nchọcha na nchịkọta.

**Nkọwa mbụrụ**

Mbụrụ bụ otu n'ime atụmatụokwue nwere n'asụsụ. Ọ bụ nka asụsụ na-enye aka n'ịghọta ekereuche dị iche iche mana nwaafọ Igbo ọbụla maara ihe

ekwe na-akụ ga -eji akọnuche ya ghọta ya n’egbughị oge. Mbah na Mbah (2014) kọwara mbụrụ dịka otu n’ime atụmatụokwu na-esikarị ike ịghọta mana site n’ihe mmadụ mabu, nwaafọ asụsụọbụla na-aghọta ya n’egbughị oge. Ọmụmaatụ:

1. “Okeke bụ Mbe.” Onye Igbo ọbụla ma na ‘Mbe’ na ‘Mmadụ’ abụghị otu. Nke a mere na ịghọta ‘Okeke’ dịka ‘Mbe’ agaghị adaba. Ọzọkwa, Okeke bụ mmadụ mana o zipụtara otu agwara ndịnime Mbe nke bụịghọ aghụghọ. Mbụrụ ebe a mere ka mmadụ chemie echiche ime n’agwara ‘Mbe’ wee tụnyere onye a na-ekwu maka ya. Na nsirihụ ndị Igbo tụmadị n’akụkọ ifo, a maara ‘Mbe’ dịka anụ na-aghọ aghụghọ. Nke a mere na a ga-eji njirimara a wee tụnyere ma mado n’Okeke. Ọ bụ mmado a na-enye ya bụ mbụrụ echiche o nwere.

   Ọfọmata (2005) sị na mbụrụ bụ otu n’ime atụmatụokwu e nwere n’asụsụ Igbo. Mbụrụ anaghị eji ịmaatụ were akọwa okwu. Ọ na-akọwa okwu kpọm kwem ebe mkpụrụokwu o ji akọwa ihe bụ ‘bụ’. Ọmụmaatụ:
2. “Nwaanyị ahụbụọkụ na mmiri.” Ebe mpụtara ya bụ na nwaanyị ahụ bụ onye na-enye oke nsogbu maọbụọ bata o su.
3. “Chika bụ edi.” Nke a pụtara na Chika na-arahụ oke ụra.

   N’ebe a, okwu ndị a akara ihe n’okpuru na-egosi mpụtara mbụrụ n’ahịrịokwu a. Nke a gosiri mbụrụ dị ka nsara echiche ntọala asụsụ n’amụmamụ asụsụ ncheke.

Lakoff na Johnson (1980) kọwara mbụrụ dịka ịhụ otu ihe dị ka ihe ọzọ. Nkọwa ha na-egosi na mbụrụ na-ezipụta nhụta nhụrụnuche nsirihụ ndị mmadụ n’omenala dị iche iche tụmadị etu o siri metụta amụmamụ asụsụ ncheke.Mbahna ndị otu ya (2013)kọwara mbụrụ dịka atụmatụokwu na-eji njirimara otu ihe maọbụ echiche ya atụnyere ihe ọzọ.Okonkwọ (1980) kọwara mbụrụ dịka ikwu na ihe a bụ ihe a. Ọ gara n’ihu kwuo na mbụrụ anaghị agba okwu okirikiri dịka myiri si eme. O nyekwara ọmụmaatụ nke ya.

4 (a) Ọ bụ agụ n’ọgụ ahụ.

(b) Chika bụ edi.

(ch) Nweke bụ nwaanyị.

(d) Nna Udoka bụ udele dg.

I lee anya n’ọmụmaatụ a, ị ga-ahụ na ahịrịokwu ndị a niile ataghị okwu arụ ma ncha. Mmadụ ga-eji ihe echiche asụsụ nhụrụnuche mado echiche nhụrụnanya.Radden (1999) mere ka a mata na mbụrụ bụ mgbe a sị

na mmadụ, ihe, maọbụ ebe bụ ihe ọ bụghị, naanị maka na ha abụọ nwekọrọ otu agwara ndịnime. Nkọwa Radden gosiri na mbụrụ abụghị naanị mmadụ bụ nchụta ya, kama ihe ọbụla nwere ike ịbụ isiokwu maọbụ nchụta mbụrụ.

Halupka-Resetar na Radic (2003) kọwara mbụrụ dịka atụmatụokwu e ji atụle ma na- aghọta ihe abụọ enweghị ka ha si yie onwe ha site n'iwepụta agwara zoro ezo ha abụọ nwekọrọ. Nkọwa mmadụ abụọa na-egosi mbụrụ dị ka iji nhụrụnanya, were aghọta ihe nhụrụnuche.

Nkọwa ndịọkaasụsụ ndị a niile bachara uru n'otu ụzọ maọbụụzọọzọ. Nwanchọcha na-akọwa mbụrụ dị ka atụmatụokwu na -ewere otu ihe amado n'ihe ọzọ iji zipụta echiche nhụrụnuche nke mpụtara ya na-adị iche site n'otu agbụrụ ruo n'agbụrụọzọ, maọbụ site n'otu asụsụ ruo n'asụsụọzọ. Nkọwa a gosiri na echiche mbụrụ anaghị abụ echiche nkịtị;ọ na-eji ihe a na-ahụ anya akọwa ihe a naghị ahụ anya.

**Nnyocha atụtụ**

N'ebe a, nwa nchọcha tụlere atụtụ echiche dị iche iche nke o si na ha wee họrọ otu maka ntụcha nchọcha a. Atụtụ ndị a bụ atụtụ njireme, atụtụ nsinụbụrụ (mburu pụtaụwa), atụtụ nsinagburugburu, na atụtụ nchọpụtazi.

**Atụtụ njireme**

Atụtụ a bụ Ludwig Wittgenstein tụpụtara ya n'afọ 1953. Atụtụ a bụ atụtụ nghọta na-ekwu na nghọta okwu ọbụla gbadoro ụkwụ n'etu ndị obodo si were okwu ahụ. Nke a gosiri na o nweghị okwu nwere echiche aka ya, mana a ma na echiche nwere ọdịdị nnọrọonwe nke emetụtaghịọnọdụ ya n'asụsụ maọbụ atụmatụokwu. Atụtụ a bara uru nke ukwuu maka na ọ na-ewepụta echiche miri emi nye atụmaatụokwu dị iche iche.Atụtụ a riri mperi n'otu akụkụ n'ihi na ọ bụ naanị ndị nwe ya jikarịrị ya arụọrụ.

**Atụtụ nsinụbụrụ**

Onye tụpụtara atụtụ a bụ Zellig Harris n'afọ 1951. Ndị nkwado atụtụ a kwenyere na echiche ihe nwere ụdịdị izugbe na nke myiri izugbe. Atụtụ a na-akọwa na echiche ihe ọbụla bụ enyo ihe ahụ na-akpalite n'echiche mmadụ mgbe ọbụla a kpọrọ ya aha. Ọmụmaatụ:

6. (a)Mmadụ; Ihe na-abịa ọnụụ n'echiche bụ onye Chi kere eke nwere agwara mmadụ. Ya bụ na e nwere mkpọaha nhụrụnanya na nke nhụrụnuche. Ndị otu a na-akọwa na ihe ọbụla ga-enwe enyo uche ya.

Atụtụ a nwere ọghọm dị na ya n'ihi na mmadụ abụọ maọbụ karịa anaghị enwe otu enyo nghọta nye okwu ọbụla. Ọzọkwa,

ndịọkammụta kwuru na ọ bụghị okwu niile nwere enyo echiche. Ọmụmaatụ:

7 (a)Aṅụrị, ịhụnanya, ekene dg. Okwu ndị a enweghị enyo echiche.

**Atụtụ nsinagburugburu**

Onye tụpụtara atụtụ a bụ L. Bloomfield n'afọ 1933. Usoro atụtụ a na-agbaso wee eme nkọwa ya bụ usoro kwunụkwunụ, mkpalite na nzaghachi. Atụtụ a na-akọwa na echiche okwu ọbụla nwere bụ echiche e nyere ya n'asụsụọ dị na ya.

Atụtụ a bara uru maka na ọ tọrọ ntọala atụtụ echiche ndịọzọ. Ọ bụ eziokwu na atụtụ a bara uru, mana o riri mperi n'ihi na o nweghị usoro izugbe omume ihe na ọsịsa ya ga-esi gaa n'ihu.

**Atụtụ nchọpụtazi**

Onye tụpụtara atụtụ a bụ Taski n'afọ 1933. Atụtụ a na-akọwa na mgbe a na-atụle ndịnechiche okwu, e kwesịrịịmata n'ezie ma okwu ahụ enwere agwara ndị ahụ a sị na ha nwere. Usoro o ji enye nkọwa bụ usoro nnyocha na nchọpụta. Nkọwa atụtụ a na-ekwu na tupu e kwuo echiche ihe, a ga-achọpụtagodu ma echiche ahụọ bụ ezie.Ọ bara uru maka na ọ na-enye aka n'ịchọpụta eziokwu dị n'echiche. Atụtụ a riri mperi n'ihi na ma echiche ihe ọ bụ eziokwu maọbụ asị agbasaghịọkaasụsụ. Ihe gbasaraọkaasụsụ bụịkọwa ma ahịrịokwu ọ dabara adaba n'usoro ọsụ asụsụ ji ahazi asụsụ ya.

**Atụtụ nchọcha**

Nwanchọcha gbasoro atụtụ njireme na nchọcha ya. O mere nke a n'ihi na nchọcha ya gbadoro ụkwụ na nkwenye atụtụ njireme. Atụtụ a na-ekwusi ike na echiche na nghọta okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ n'ihi na o nweghị okwu nwere echiche aka ya. Ọ bụ ihe doro anya na echiche mbụrụ na-adị iche site n'otu asụsụ ruo n'ọzọ.Ebe ọ bụ na nchọcha a metụtara mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke,atụtụ a ga-aka mma iji kọwaa isiokwu a.

**Nchọcha e merela n'isiokwu**

N'ebe a, nwanchọcha ga-atụle ihe ndị mmadụ derela metụtara isiokwu ọ na-eme nchọcha maka ya.Lakoff na Johnson (1980) na nchọcha ha mere gbasara mbụrụ kọwara na mbụrụ abụghị naanị ihe e ji achọ okwu mma, kama na ọ bụkwazị ihe e ji achịkọta ma zipụta echiche mmadụ. Asụsụọbụla na -egosi ka ndị mmadụ si eche echiche, ka ha si aghọta okwu ma na-akọwa ihe. Ha gara n'ihu kọwaa na mbụrụ na-apụta ihe

n'asụsụọbụla n'ụzọụfọdụ dịka, omenala, azụmahịa, agụmagụ, ọnọdụ akụnaụba dg. Echiche ndị a bara uru nke ọma ma gosipụta ụzọ dị iche iche e si eji mbụrụ arụọrụ n'asụsụ.

Mbah (2013) kwuru na mbụrụ bụ atụmatụokwu na-eji njirimara otu ihe maọbụ echiche ya atụnyere nke ihe ọzọ. Ihe ndị a nwere ike bụrụ ihe nhụrụnuche dịka nka okwu na-arụtụ aka n'ihi na ọdịdị ya ka e siri hụ ya n'agụmagụ. Nhụrụ a na-enye aka kọwaa ntọala arụmarụ, echemeche, nkwughari maọbụọnọdụ nwere ike ịkọwa ihe site n'iji otu n'ime ome echiche ndị a: ọhụhụụzọ, ọnọdụ ihe dg.

Fauconnier (1983) na Holyak (1995) kwuru na ọ bụ site na mbụrụ ka e si akọwa ma na-emepụta okwu ọhụrụ nke ọtụtụ ndị mmadụ anaghị ahụtazị ka nke sina mbụrụ. Ndị a na-arụụka na e wepụ mbụrụ na asụsụ gaara eri ajọ mperi. Wee (2004) na nchọcha nke yakwuru na mbụrụbụ amụmamụ asụsụ metụtara ọdịbendị. Nchọcha ya gosiri na mbụrụ gbadoro ụkwụ na amụmamụ nwere echiche dị iche iche site na nsirihụ mba dị iche iche. O ji mba Percia maa atụ ebe ọ sịrị na anụ a na-akpọ awọrọ bụ anụ na-egosi aghụghọ na nsirihụ mba ahụ, mana n'ala Igbo, anụ a na-akpọ mbe bụ anụ na-egosi aghụghọ dg. Nke a gosiri na a sị na mmadụ bụ awọrọ, a mara na onye ahụ bụ onye aghụghọ dịka e siri mara anụ a bụ mbe. Nchọcha ya bara uru n'ihi na o gosiri mbụrụ na etu o si dị na nsirihụ mba ụfọdụ. Nchọcha a nyere aka n'ịghọta ka nsara echiche ụfọdụ agbụrụ si dị nke rụtụrụ aka na mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke.

Valesco (2001) dịka ọ dị na Mbah na Edeogu (2012) mere nchọcha site n'ọrụ atọ gbara ọkpụrụkpụ atụtụ echiche na-arụ n'amụmamụ asụsụ ncheke. Atụtụ atọ ndị a bụ; atụtụọwa ndịnime, atụtụọwa nsinụzọ na atụtụọwa ndịnike. Ihe a chọpụtara n'isiokwu a bụ na atụtụ nhụta ntọala mbụrụ nwere ọkpụrụkpụọrụ abụọ metụtara mmekọrịta dị n'etiti nsinebe na nhụta dị n'ime ahannọchi nke madoro n'echiche ma wepụta ihe ha jiri bụrụ otu. Na nchịkọta, a chọpụtara na mgbe ọbụla a na-akparịta ụka, a na-akpalitekarịọwa echiche atọ ndị a, mbụrụ, ahannọchi na atụtụ nhụta echiche. N'ebe a, a rụtụrụ aka na nsinebe na nhụta dị n'ime ahannọchi nke mbụrụ bụ otu n'ime.

## Mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke

N'asụsụ Igbo, mbụrụ so n'otu atụmatụokwu na-enye aka akọwa nghọta asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke n'ụzọ dị iche iche. Ụzọ ndị ahụ bụ:

**Mmado echiche**

Mbụrụọbụla na-emetụta ekereke echiche nke na-adabedo na nhụrụnanya na nhụrụnuche. Nke a pụtara na echiche ahịrị mbụrụ niile anaghị abụ echiche nkịtị. Ọmụmaatụ:

8. Nwata ahụ bụ ozu nwụrụ anwụ. N'ebe a, e jiri ozu nwụrụ anwụ wee tụnyere nwata. Ọ bụ site n'ụzọ a ka e ji were ihe nhụrụnuche na-atụnyere ihe nhụrụnanya.

9. Oroma ahụ bụ shuga. N'ebe a, e ji 'shuga' tụnyere oroma iji gosipụta etu o si atọụtọ. Nke a gosiri na mgbe ọbụla nwaafọ Igbo nụrụ n'ihe na-atọụtọ, echiche ya ga-agbaga n'ebe shuga dị.

10. Ọ tara ahụ bụrụzie ọkazị. N'ebe a, e ji 'eriri ọkazị' wee tụnyere ụdị ahụọtara. Nwaafọ Igbo ga-eji uche ya mata na anụ afọzịghị onye a na-ekwu maka ya n'ahụ n'ihi na eriri ọkazị na-adị gịrịgịrị nke ukwuu.

**Mbụrụ dịka ntọala asụsụ nsinebe**

Mbụrụ na okwu e ji ya emepụta anaghị eyi. Ọmụmaatụ:

11. Okeke bụ ezi. N'ebe a, Okeke na ezi eyiteghị. Nke a mere na ọ bụghị ha abụọ ka e ji atụnyere ibe ya. Ọnụụ na-echega uche ebe ọzọ iji ghọta mpụtara ahịrịokwu a n'ihi na ọ bụiru unyi ka e ji mara 'ezi' n'ọdịnala Igbo. Ọ bụ nke a mere na a bịa n'amụmamụ asụsụ ncheke, onye Igbo ọbụla nụrụ ya bụ ahịrịokwu ga-atụ uche ya iji Okeke tụnyere ezi ma were njirimara ezi tụnyere Okeke. Ọ bụ site n'ime nke a, ka e si ahụta mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke.

12. Maazị Okafọ bụ nduru. Na nsirihụ ndị Igbo, nduru bụ anụ na-ahụụzọ nke ọma. N'amụmamụ asụsụ ncheke, mgbe ọbụla e ji nduru tụnyere mmadụ, ị mara na onye ahụ na-ahụụzọ nke ọma. Ọ bụ ezie na Maazị Okafọ bụ mmadụ ebe nduru bụ anụmanụ. Nke a ga-eme ka onye ọbụla nụrụ ya chemie echiche ime iji ghọta mpụtara ahịrịokwu ahụ.

13. Ọgụchi bụ enwe. N'ahịrịokwu a, Ọgụchi bụ mmadụ ebe enwe bụ anụmanụ. Ha abụọ eyiteghị. Ndị Igbo na-ahụta enwe dị ka anụ na-arị elu ọsọọsọ. Mgbe a sị na 'Ọgụchi' bụ enwe, ihe ọ pụtara bụ na 'Ọgụchi' na-arị elu nke ọma.

**Mbụrụ dịka mmetụta ntọala asụsụ**

N'amụmamụ asụsụ ncheke, mbụrụ na-emetụta nhụta nhụrụnuche. A na-eji ihe nhụrụnanya akọwa ihe nhụrụnuche. Ọmụmaatụ:

14. Chiọma bụ agarachaa. N'ebe a, ọ bụrụ na a sị na Chiọma bụ agarachaa, a na-ahụkarị ihe atọ n'ebe Chiọma nọ. Ha bụ ndị a:

(a) Chiọma na-ete ntecha.

(b) Chiọma na-akwụgharị.

(ch) Chiọma na-agagharị.

(d) Ike anaghị ede Chiọma n'ụlọ dg.

Ọ bụ site n'ihe njirimara ndị a, ka a ga-eji kọwata ụdị akparamagwa Chiọma na-akpanke anaghị ahụ anya. Nke a gosiri na mbụrụ niile na-emetụtakarị nsara echiche nhụrụnanya na nke nhụrụnuche n'amụmamụ ncheke.

**Mbụrụ na-ezipụta nghọta dị iche iche**

Mbụrụ dịka ọ dị n'atụtụ asụsụ ncheke abụghị mbụrụ dịka ọ dị n'agụmagụ. N'ebe a, a na-ewe mbụrụ dịka atụmatụokwu niile; ma ilu ma mbụrụ, mpaghara nnọchi, ahannọchi, ụkabụilu, asịnilu dg.

**Ilu.** Nke a bụ okwu akọnauche ndị Igbo ji akọwa okwu ha, onwe ha na ihe ha na-ekwu maka ya. Ọ bụ okwu a na-echemiri echiche ime tupu aghọta ihe ọ pụtara.

15. Ọmụmaatụ:

(a) Ọ bụ etu aka ha nwaanyị ka ọ na-atụkwasị di ya. Nkọwa ya bụ na ọ bụ etu ike mmadụ ha ka ọ na-emeru ihe.

(b) Isi kote ebu, ọ gbaa ya, pụtara, onye chọtansogbu, o sogbube ya.

**Ahannọchi.** Nke a bụ atụmatụokwu nke e ji ihe yiri ihe akọwa. O nwere agwara mbụrụ n'ọtụtụ ebe. Ha nwere otu usoro echiche n'ihi na ha na-ekepụta okwu nkịtị manandịiche dị na ha. Mbụrụ na-amado n'echiche site n'otu ihe gaa n'ihe ọzọ mana ahannọchi na-eweta nkọwa n'etiti ihe abụọ dị n'otu ebe. Ọmụmaatụ:

16. Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. Ọzọ, ndị okpu mmee sị na nke a abụghị omenala.

**Nsinilu:** Nsinilu bụụdị mmemmadụ na-egosipụta ekereke mmadụ n'ebe ihe, anụmanụ maọbụ ihe ekereuche dị. Ọ na-eme nkọwa site n'iji "sịrị na"

nke na-enye echiche maọbụ ekwumekwu ahụ ikike nkọwa na nghọta. Ọmụmaatụ:

17. Asịka sịrị onye ube ya ruru ya rachaa. Mbe sịrị na nsị esigbuo ya.

**Mbụrụ na-enye aka emebeta okwu ọhụrụ**

N'ebe a, imebeta okwu ọhụrụ a na-esi n'atụmatụokwu mbụrụ echepụta mkpụrụokwu ọhụrụ e ji akọwa ihe ndapụta maọbụ awama anya ọhụrụ. Fauconnier (1997: 79) kọwara na ọ bụ mmepụta okwu ọhụrụ ka e ji weta nje kọmputa site na nje na-abanye n'ahụ mmadụ. Ọ kọwara ihe ndị a site n'ọmụmaatụ ndị a:

18. (a)Na nje kọmputa bụ nje nke a chọpụtara ihe banyere ya.

(b) Nje a adịbeghị na kọmputa.

(ch) Nje a nwere ike ịmụbawanye ma ahapụ ya.

(d) Ọ na-adọghachi ike ọrụ kọmputa azụ.

(e) E kwesịrị igbochi nje a ịbanye n'ime kọmputa.

(f) A ga-egbochi ya site n'ime ka nje a ghara ịbanye ya ncha ncha maọbụ site n'itinye ngwa ga-egbochi ya n'ime ya bụ kọmputa.

Fauconnier na -akọwa naenweghị ebe ọzọ a gaara isi weta nje kọmputa dịka ahụ mmadụ maọbụ hụta ya dịka nje na-abanye mmadụ n'ahụ. Ọ bụkwa site n'echiche a ka asụsụ dị iche iche si ewere mpaghara ahụ mebeta okwu ọhụrụ. Ọmụmaatụ: Site n'isi mmadụ, a na-agbatị echiche isi wee nweta ihe ndị a:

19. (a)Onyeisi agwa

(b) Onyeisi oche

(ch) Onyeisi egwu

(d) Onyeisi ngalaba

(e) Onyeisi ọrụ

(f) Onyeisi ala, dg.

I lee anya ebe a, ị ga-achọpụta na mbụrụ nyere aka n'igosi ntọala nhụta nhụrụnuche site n'ahịrịokwu ndị a e jiri nye ọmụmaatụ.

Ọzọkwa, okwu ndị a dịka ụlọelu, ụlọegwu, ụlọala, ụlọakụ, ụlọakwụkwọ, anya obodo ji ahụụzọ, anyaede, nakwa site n'ire e nweta ireọkụ, dg. bụcha okwu mbụrụ.

Nke a gosiri na e wepụ mbụrụ n'asụsụ, asụsụ kaara eri ajọ mperi. Ọ bụ site na mbụrụ ka e si emeta okwu ọhụrụ nke ọtụtụ mmadụ anaghị ahụtazị dịka nke sina mbụrụ.

**Mbụrụ dịka nsirihụ ntọala asụsụ na omenala ndị**

Ọ dị mkpa ịtụ aka na echiche mbụrụ na-eweta na-agbadoụkwụ na nsirihụọdịbendị. N'omenala Igbo, e ji aghụghọ mara mbe mana nke a abụchaghị eziokwu n'agbụrụ ndịọzọ dịka na mba Amerika na Ndia. Ọ bụ ududo na awọrọ na-arụụdịọrụ a n'otu n'otu n'omenala ndị ahụ. Ndị otu amụmamụ a na-akọwa na e nwere ike ịbawanye echiche mbụrụ site n'iji ya kọwaa ọnọdụọhụrụ e nwere n'ọdịbendị. Ọmụmaatụ:

22. (a)Obi m dajụrụ.

(b) Obi m ritere elu.

(ch) Ọbara ya na-agba n'elu dg.

I lee anya n'ahịrịokwu ndị a, ha bụcha mbụrụ na-akọwa azụ okwu dị iche iche nke metụrụ mkpụrụokwu maọbụ umezu mmadụ.

23. Ọzọkwa, n'ala Igbo, ọjị bụ mkpụrụ osisi a na-akwanyere ugwu pụrụ iche. E ji ya anabata ndịọbịa nke na-egosi nnabata pụrụ iche. Ma ọ dịghị etu a n'agbụrụ ndịọzọ. N'ala Bekee, ọ bụ okookoo ka ha ji egosi nnabata na ịhụnanya.

24. N'ala Igbo, a maara ezinaụlọ ka ebe e nwere nne, nna na ụmụ ha, ikwunaibe, dg. Mana na nsirihụ ndị agbụrụọzọ ha na-ahụta ezinaụlọ ka ebe e nwere naanị nne, nna na ụmụntakịrị.

25. Na nsirihụ ndị Igbo, agụ bụ anụ na-akpa ike. Ya bụ na a sị na mmadụbụ agụ, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ na-akpa ike. Ọ bụkwa etu ahụ ka ndị Bekee siri hụ ya.

**Mbụrụ dịka o bu ngwongwo**

Mbụrụ bụkwa otu n'ime atụmatụokwu na-ebukọ mkpụrụokwu maọbụ ahịrịokwu na ibe ya ọnụ tụmadị n'amụmamụ asụsụ ncheke. Mbụrụ na-eme ka okwu abụọ ndị a gakọọọnụ. Ọmụmaatụ mkpụrụokwu ndị a bụ:

26. (a) Ndụm. N'asụsụ Igbo, mgbe mmadụ kwuru ndụm, ọ pụtara ọtụtụ ihe na nghọta ndị mmadụ dịka ịrịọ Chukwu maka ogologo ndụ maọbụụdị ndụ mmadụ na-ebi na akparamagwa ndụ onye ahụ na-ezipụta dg.

(b) Njem. Ọmụmaatụ ndị a na-ezipụta mbụrụ dịka o bu ngwongwo n'amụmamụ asụsụ ncheke. Ebe ọmụmaatụ ahịrịokwu bụ ndị a:

27. (a)Onye na-ebi ndụ bụ onye na-eme njem.

(b) Mbunuche ya bụ ebe ọ na-aga.

(ch) Ihe isiike nke ụwa bụọgbatauhie dị na njem dg.

Ahịrịokwu ndị a bụ ihe e nwere ike ịghọta site n'iji ilu a bụ "ụwa bụ njem" tụnyere njem mmadụ na-eme mgbe niile. A na-eji akọ site n'ilu a, akpa nkata oge ọbụla.I lee anya n'ahịrịokwu ndị a niile, Ị ga-achọpụta na ha gbadoro ụkwụ n'otu okwu a bụụwa bụ njem.N'ụdị mgbatị echiche a, echiche ya na-aga ihu na ihu nke pụtara na e nwere agba ọbụla agafere, agaghị echighakwa azụ na ya.

**Nchịkọta**

Nwa nchọcha chọpụtara mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke. Nchọcha a gosiri ihe atụtụ ncheke kwuru na mbụrụ n'amụmamụ asụsụ ncheke metụtara atụmatụokwu niile dịka ilu, myiri, ahannọchi, akpaalaokwu, dg. A hụrụ nke a n'ebe e webatara ilu iji kọwaa ihe ụfọdụ. Mgbe e mechara nchọcha a, a chọpụtara na mbụrụ n'amụmamụ asụsụ ncheke dịka ntọala asụsụ bu n'isi, kwọrọ n'azụ ma sekpụrụ n'aka tụmadị n'ebe asụsụ dị.Ihe ndị a niile gosiri na mbụrụ bụ akwaa akwụrụ n'ime atụmatụokwu niile e nwere n'amụmamụ asụsụ ncheke.

**Mmechi**

Site n'ihe ndị e zipụtagasịrị, nwa nchọcha mejupụtara ebumnobi ya bụ inyocha mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'amụmamụ asụsụ ncheke. Ọ chọpụtara na mbụrụ bụ isi sekpụ ntị n'atụmatụokwu tụmadị n'amụmamụ asụsụ ncheke ma nye aka kọwaa atụmatụokwu ndịọzọ niile.

Nwa nchọcha chọpụtakwara na mbụrụ nyere aka kọwaa atụtụ ncheke etu o siri metụta ntọala ọsụụ na etu ọsụ asụsụ si e ji ya asụ asụsụ.O gosịpụtara etu atụtụ njireme si pụta ihe n'echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị

nwe ya ji ya eme n'asụsụ. Ọ bụ ihe ọsụ asụsụ jiri ya mee metụtara mbụrụ dịka ntọala asụsụ n'ebe ndị nwe asụsụ ahụ nọ.

**Aro nwanchọcha**

Site n'ihe mkpọbiụkwụ dị na nchọcha a, nwanchọcha na-atụ aro ndị a: ndịọkaasụsụ na ngalaba amụmamụ asụsụ n'ụlọakwụkwọ dị elu ga-agba mbọ nwee ọgbakọ ma hazie etu a ga-esi mụta atụmatụokwu ọbụla n'ụzọ ka mma. Nke a ga-enye aka n'ịghọta ya nke ọma. Ha ga-agba mbọ depụta ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ na-akụzi maka isiokwu a iche n'ihi na e nwekebeghị akwụkwọọgụgụ maka ya. Ha kwesịkwara inye ndị chọrọ ide akwụkwọọgụgụ a nkwado n'ụzọ pụrụ iche. Mgbe ha mere nke a, akwụkwọọgụgụ ga-abụ atụrụ taba ma mee ka amụmamụ a dịrị onye ọbụla ga-eme nchọcha na ya mfe.

Ọzọkwa, nwanchọcha na-ekwu ma na-ekwusi ike naekwesịrị inye ọtụtụụmụafọ Igbo ndị nwere mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo amụmamụ agụmakwụkwọ n'efu, ma mee ka ụmụakwụkwọ ndị nọ na ngalaba amụmamụasụsụ Igbo nweta ọrụ ozugbo ha gụsịrị akwụkwọ. Nke a ga-enye aka kpalie mmụọ ndị obi ha jụrụ oyi n'ịgụ na ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu. Mgbe e mere nke a, amụmamụ asụsụ n'ụlọ akwụkwọ dị elu ga-abụzị ihe e ji eme ọnụ.

**Edensibịa**

Fauconmier, G. (1985). *Mental spaces.* Cambridge: MA: MIT Press. Halupka-Resetar, S. & Radic, C. (2003). "Animal names used in addressing people in Serbian". *Journal of pragramtics,* vol. 35, 190 – 199.

Lakoff, G. & Johnson, M. (1980). *Metaphors we live by.*Chicago: University of Chicago Press.

Lakoff, G. (1987). *Women, fire and dangerous things; what categories reveal about the mind.*Chicago: University of Chicago.

Mbah, B. M & Edeogu, P. N. (2012). "The semanties of the verb – 'se': A congnitives semantic study". International Institute of Science, Technology and Education, 2.41 – 47.

Mbah, B. M., Mbah, E. E., Ikeokwu, E. G., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuona, C. N., Akaeze, C. M., Onu, J. O., Eze, E. A., Prezi, G. O., & Odii. C. (2013). *Igbo adi. Igbo-English English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms.*Nsukka:University of Nigeria Press.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ Igbo.*Nsukka: University of Nigeria Press.

Mbah, B. M. (2017) . "Nkụzi n'ihe ọmụmụ cognitive linguistics". Ngalaba amụmamụIgbo, Afrịka na Eshia, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Ọfọmata, C. E. (2002). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị junịọ sekọndịrị.* Enugu: Format Publishers.

Okonkwo, M. N. (1980). *A complete course in Igbo grammar.* Ibadan:Macmillian Nigeria Publishers. Radden, G. (1999). "How metonymy are metaphors?"Na Barcelona (ọhz.), *Metaphor and metonymy at the crossroads.*Berlin: Mounton de Gruyter.

Talmy, L. (2000). *Towards a cognitive semantics.*Cambridge: MIT Press.

L. (2004). *Proper names and theory of metaphors.*Cambridge: Cambridge University press.